ÉKWÉ JỌNAL
NKE NDỊ IGBO SCHOLARS FORUM, NIGERIA
Volume 12; No 2, July, 2019

Onye nhazi:
Onukwube Alex Alfred Anedo
+2348037859249; +2348149225739

**ÉKWÉ JỌNAL**

Ọkwa ideta akwụkwọ

EKWE JỌNAL
nke ndỊ IGBO SCHOLARS FORUM, NIGERIA

Ndị Bipụtara:
©Igbo Scholars Forum Nigeria

**Ikike Niile nke enweghi nnyefe.**

Onye ọzọ apụghị ibipụtaghari, dowe ebe e nwere ike iwepụtakwa ya maọbụ nyefee n'ụdị ọ bụla ma ọ bụ n'ụzọ ọ bụla, igwenzikọrịta ozi, nkwghari, n'ụdị nkọpị, ịkụ n'ụdị egwu ma ọ bụ n'ụdị ọ bụla na-enweteghị ikike onye new ọrụ.

**Printed by:**

**Printed by:**
Eunique Press and computers
No.5 Ogechukwu Street
Awka - Anambra State
Nigeria

**Onye nhazi:**
Onukwube Alex Alfred Anedo
+2348037859249; +2348149225739

## ỌKWA IDETA AKWỤKWỌ

**Ékwe Jọnal nke ndị IGBO SCHOLARS FORUM, Nigeria** na-akpọku ndị odee nwere ederede e nyochere ma dezie nke ọma n'ihe gbasara Igbo na ndị ya, ka ha wete ha ka e bipụtara ha n'Ekwe Jọnal.. Anyị na-anabata ederede na atụmaatụ ọbụla metutere ọdịmma ndị mmadụ, asụsụ, ekpemekpe, agụmakwụkwọ, mgbaragwụ na mkpakwụkwọ, Akụkọntọala, Akụnaụba, Mmekọrịta mmadụ na ibe ya, Omenala, Nkanaụzụ, Mmekọrịta azụmahịa, Ọchịchị, Gburugburu, dgz. Zite akwụkwọ gị dịka akpaozi ntado nke ikuku site n'akara ozi ikuku a: igboscholarsforum@yahoo.com maọbụ i bipụta ya n'akwụkwọ ụzọ abụọ ma zigara ya otu onye n'ime ndị nhazi Jọnal a.Ụdị nrụakaebe ihe ndị e legere anya n'ide ederede anyị ga-anabata bụ MLA agba nke asaa. Jọnal a bu n'obi ịdị na-ewepụta akaọrụ ya kwa.

Onukwube Alex . A. Anedo
Onyenhazi
IGBO SCHOLARS FORUM NIGERIA
Department of African & Asian Studies,
Nnamdi Azikiwe University Awka,
Anambra State – Nigeria
Phone: +2348037859249, 08149225739
e-mail:igboscholarsforum@yahoo.com;
web: http://wwwigboscholarsforum.com.ng

Vol.12; No.2 July, 2019 ISSN: 2476-8448

**Printed by:**
Eunique Press and computers
No.5 Ogechukwu Street
Awka - Anambra State
Nigeria

ISSN: 2476-8448

## NSIRI N’OCHE NHAZI

**Ekwe Jọnal** bụ otu n’akaọrụ ndị Igbo Scholars Forum nke malitere site n’obi ịnụ ọkụ iji chịkọlata ụmụaka Igbo gụrụ akwụkwọ ka ha wee nwee ike ịmalite chewe echichi dịka ndị Igbo site n’idepụta akwụkwọ, na-ezukọ ma na-enwe ọgbakọ. N’eziokwu, ọ bụ Dr. Onukwube Alexander Alfred Anedo malitere Igbo Scholars Forum nke bidoro mgbe ha wepụtere akwụkwọ ha dere maka nna ọkpụtọrọ ọkpụ nke otu a bụ Prof. Obed Muojekwu Anizoba (Ozonwa),ka ọnwa Disemba nke afọ 2012 dị mkpụrụ ụbọchị iri na ise. Iji kwanyere ya ugwu. N’afọ ọma ya, Prof O. M. Anizoba kweere ha ọnya ikuku, http://www.igboscholarsforum.com.ng ebe ha ga-esi na-agwa ụwa ndị ndị Igbo bụ, ihe gbasara ndụ ha na ihe ha kwenyere na ya.. Jọnal ndị ọzọ nke ndị otu a chọrọ isi na ha na-eche Igbo n’ihu ndị ụwa bụ Ideal Journal na Igbscholars Journal.

Onukwube A. A. Anedo, Ph.D.

**Ndị ndụmọdụ:**

**1. Dr. Mrs. Lizzy Anizoba**
Department of English and Litrature, Paul University, Awka – Nigeria
**2. Prof. Sam Uzochukwu**
Department of Linguistics, African & Asian Studies, University of Lagos Nigeria
**3. Prof B. Okolo**
Department of Languages & Linguistics, University of Benin, Edo State, Nigeria
**4. Prof. Paul Ikechukwu Oguguo**
Department of Philosophy, faculty of Arts, Nnamdi Azikiwe University, Awka, Nigeria
5**. Dr. Mrs. Evelyn Ezinwanne Mbah**
Department of Linguistics, Igbo & Other Nigerian languages, Faculty of Arts, University of Nigeria, Nsukka, Nigeria
**6. Dr. Lucy Mgbemgasha Apakama**
Department of Nigerian Languages, Alvan Ikoku Federal College of Education, Owerri, Imo State, Nigeria
**7. Dr. Nnamdi Obika**
Department of Englis language and Literature Madonna University Okija Campus Anambra State
**8. Dr. Donatus Epuchie**
Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages Alvan Ikoku Federal College of Education Owerri Imo State Nigeria
**9.Dr. Law Chukwueke Okolo**
Department of Linguistics and Igbo, Imo State University, Owerri, Nigeria.

(c) Igboscholarsforum 2019

**Ndị so n'otu ndị nhazi**

**1. Onukwube Alex Alfred Anedo** (Onyeisi Oche)
Ph.D. (African Culture & Civilization); M. A. (African Culture & Civilization); M.Phil. (Chinese Culture & Anthropology); B.A.Ed. (Ed/Igbo/Linguistics); N.C.E. (Igbo/Religion); Diploma in Chinese Studies. Senior Lecturer, Nnamdi Azikiwe Umniversity, Awka; Visiting Senior Lecturer, Department of Linguistics, Igbo & Other Nigerian languages, University of Nigeria, Nsukka, Nigeria

**2. Rev. Bro. Charles Ogbuchukwu Okeke**
Ph.D; M.A. (ATR), B.D (Theo); B.Phil, PGDE, Dipl (Italian & French), Head of Department, Relious Studies, Nwafor Orizu College of Education, Nsugbe, Anambra State, Nigeria,

**3. Enyinnia Samuel Ikokwu**
Ph.D, M.A; B.A. PGDE.(JOS). Specialist in Igbo Literature & Stylistics Department of Linguistice, Igbo & Other Nigerian languages, University of Nigeria, Nsukka, Nigeria

**4. Friday Ifeanyichukwu Ogbuehi**
Ph.D; M.A. B.A Department of Religion, Trinity Theological College, Umuahia, Abia State, Nigeria.

**5. Deacon Ndubuisi Ogbonna Ahamefula**
B. A. Linguistics M. A. Linguistics,
Department of Liguistic, Igbo & Other Nigerian languages, University of Nigeria Nsukka

**6.Viola Chinenye Edeze**
Ph.D;(African Culture & Civilization), M.A.; B.A.Ed/Igbo/Lin
Department of Nigerian Languages, Alvan Ikoku Federal College of Education, Owerri, Imo State, Nigeria

**7.Chimezie Okoye**
B.A. (English) Odeakwụkwọ, Igboscholars Forum, Nigeria.
Besing Books, No. 9 Wisdom Avenue, Suleja, Niger State.

**8. Ben Nkemdirim Igbokwe**
B.A. M.A. Ph.D. (NAU) African Culture & Civilization
School of General Studies, Federal University of Technology, Owerri, Imo State, Nigeria

©Igbo scholars' forum, Nigeria 2019

**Ndịnaya na Ndị Odee**

**1.Mmetụta Ndịiche dị n'Ụdaolu Igbo Waawa n'Ịkanye Akara Ụdaolu n'Okwu Igbo Izugbe n'Ogo Siniọ Sekọndịrị na Steeti Ebonyi na Enugwu**
**Dr. Uchenna Fabian Ude** Department of Arts Education, University of Nigeria, Nsukka uchenna.ude@unn.edu.ng **6.**
08064231662

**2. Mmesonye na Ikikere Asụsụ ndị Dibịa Ahụike n'Igbo**
**Crescentia N. Ugwuona**
Ngalaba Lingwistiiks, Igbo na Asụsụ Naijiria ndị Ọzọ Mahadum Naijịrịa, Nsụka crescentia.ugwuona@unn.edu.ng
+234(0)7036832566

3. Nsogbu Ụmụ akwụkwọ na-enwe n'ime Ntụgharị n'Asụsụ Igbo n'Ogo Sekọndịrị Ukwu n'Okpuru Ọchịchị Igbo-etiti, Steeti Enugwu
**Dr. Uchenna Fabian Ude[1]**
Department of Arts Education, University of Nigeria, Nsukka
uchenna.ude@unn.edu.ng 08064231662
**Dr. Chinyere Ezema[2]**
Department of Arts Education, University of Nigeria, Nsukka
0807728086
**Happiness Chioma Ezema[3]**
Department of Arts Education, University of Nigeria, Nsukka

**4. Ntule Mbụrụ Metutara Ajọ Ndụ Gbasara Ịgba Akwụna Na Nsirihụ Ndị Igbo**
**Ezemọka, Augustina Ekwy[1]**
Igbo department, Fct college of education, zuba-abuja
***Ahamefula, Ndubuisi Ogbonna[2]**
Department of Linguistics, Igbo & Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka ndubuisi.ahamefula@unn.edu.ng
**Eze, Maudline Adaora[3]**
Department of Linguistics and Literary Studies
Ebonyi State University, Abakaliki, Ebonyi State
**Okoye, Chinenye Loyce**
Department of Languages and Linguistics/Chinese Studies
Nnamdi Azikiwe University, Awka, Anambra State.

**5. Ụzọ Ịkwalite Ọmụmụ Abụ Ederede Igbo n'Ogo Siniọ Sekọndịrị Na Zonu Mmụta Nsụka, Steeti Enugwu**
**Dr. Uchenna Fabian Ude**

Department of Arts Education, University of Nigeria, Nsukka
uchenna.ude@unn.edu.ng  08064231662
**Dr. Nneka Justina Eze**
Department of Arts Education, University of Nigeria, Nsukka
08039555509
**Joy Ujunwa Agboeze**
Department of Arts Education, University of Nigeria, Nsukka
08063625885

6. **Ụfọdụ Nkọmịrịnkọ Nnamdi Azikiwe (ZIK) N'ala Igbo**

**Ihedigbo Ruth Ebere**
Ngalaba Lingwistics na Asụsụ Igbo nke Mahadum Naijirịa dị na Nsụkka.  ebere.ihedigbo@unn.edu.ng, ebereihedigbo@yahoo.com
08034722818
**Okey-Agbo, Ndidi**
Ngalaba Lingwistics na Asụsụ Igbo nke Mahadum Naijirịa dị na Nsụkka.  08061271905, jacinta.okey-agbo@gmail.com

**7. Pronunciation Difficulties Among Idoma Native Speakers Of English Language**

**Achadu, Peter Ada**
Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka
+2348068360547; achadu.peter@unn.edu.ng

8. **Asụsụ Igbo N'Ezi Gbara Atọ N'Ihe Gbasara Nkanụzụ N'OgeIgwe Amamiihe senchụri nke iri abụọ na otu**

**Ọkammụta Joy Ifeadikanwa Obayi**
Humanities Unit, School of General Studies, University of Nigeria, Nsukka    joy.obayi@unn.unn.edu.ng +2348065132008
**Maazị Onyebuchi Virginus Arua**
Linguistics/Igbo and Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka
Onyebuchi.aruah@unn.edu.ng +2348039482647
**Udensi, Peace Ebere**
Humanities Unit, School of General Studies, University of Nigeria, Nsukka
ebere.udensi@unn.edu.ng +2348038499009

**9. Nkuzi n'Asụsụ Epum dịka Ụzọ Isi Gbochie Nkewa dị n'etiti Nwata Akwụkwọ na kqrịkulum**

**Chineke Stella Obiọma**

Department of Arts Education, University of Nigeria, Nsukka.
08063385262 Stella.chineke@unn.edu.ng
**Eze Roseline Ifeoma**
Department of Arts Education , University of Nigeria, Nsukka.
08064008703 roseline.eze.ss12303@unn.edu.ng

**10. Nsogbu Ụmụ akwụkwọ N'itinye Akara Ụdaolu Igbo Na Mkpụrụokwu**

**Onwuka, Gloria T Ngalaba Mmụta Nka, Mahadum Naịjirịa, Nsụka gloria.onwuka@unn.edu.ng**

**11. Ndịna Na Akanka Abụ Echichi N'okpuje Nsukka**

**Ezesinachi, Juliet Ngozika**
**ngizi.sinachijuly@gmail.com 08033223859**
**Ihedigbo, Ruth Ebere ebere.ihedigbo@unn.edu.ng**
**ebere.ihedigbo@yahoo.com 08034722818**
**Eze, Monica Ngozika**
**monica.eze@unn.edu.ng 08068481351**

,

## Mmetụta Ndịiche dị n'Ụdaolu Igbo Waawa n'Ịkanye Akara Ụdaolu n'Okwu Igbo Izugbe n'Ogo Siniọ Sekọndịrị na Steeti Ebonyi na Enugwu

Si N'aka
**Dr. Uchenna Fabian Ude**
Department of Arts Education,
University of Nigeria, Nsukka
uchenna.ude@unn.edu.ng 08064231662

**Ụmìedemede**

Isiokwu nchọcha a bụ Mmetụta Ndịiche dị n'ụdaolu Igbo Waawa n'ịkanye akara ụdaolu n'okwu Igbo Izugbe n'ogo sekọndịrị ukwu na steeti Ebọnyị na Enugwu. Ụmụakwụkwọ n'ogo sekọndịrị ukwu na steeti Ebonyi na Enugwu anaghị eme nke ọma n'ịkanye akara ụdaolu Igbo n'ihi na olu Igbo Waawa na-emetụta ha n'ọmụmụ Igbo Izugbe nakwa n'ule siniọ sekọndịrị. Ụdị nchọcha e ji mee nchọcha a bụ Eụpostu Faktọ (Eụpost Facto design). Ọnụọgụ e ji mee nchọcha dị 15,684 (puku iri na ise, nari isii, iri asatọ na anọ). Onye nchọcha seere ụmụakwụkwọ ọnụọgụ ha dị 1,555 (otu puku, nari ise, iri ise na ise) site n'iji usoro nsere nke nhọ na nha tụmbọm tụmbọm (proportionate stratified random sampling techniọue). Ngwa nchọcha onye nchọcha ji mee nchọcha a bụ Nnwale Mmetụta Ụdaolu Igbo Waawa n'ịkanye akara ụdaolu n'okwu Igbo Izugbe (NMUIWIAOUII). Onye nchọcha tụrụ aro na gọọmentị kwesiri ịchịkọbara ndị nkụzi ọzụzụ mmụgharị ebe a ga-akpọta ndị nkụzi ọbịa nleta na-akụzi asụsụ Igbo sitere na Mahadum na Kọleji Kedukeshọn ịkụziri ha ịkanye akara ụdaolu Igbo; ebe ndị nkụzi sekọndịrị n'aka nke ọzọ ga-agba mbọ kụziere ụmụakwụkwọ maka ịkanye akara ụdaolu Igbo Izugbe etu o kwesiri.

**Okwu Ndị Pụtakarịchara Ihe:** Ụdaolu, Olu Igbo Waawa, Igbo Izugbe, Akara Ụdaolu.

### Mkpọlite

### Ntọala Nchọcha

Asụsụ bụ otu n'ime njirimara agbụrụ ọbụla nke mmadụ na ibe ya ji enwe mmekọrịta n'ụdị mkparịta ụka iji mee ka mbunuche ha pụta ihe. Ọ bụ site n'asụsụ ka mmadụ si aghọta ma na-amatakwa

ihe onye ọzọ bu n’uche. Asụsụ bụ ihe nrịbaama nke mmadụ ji ezipụta ihe o bu n’obi mgbe ya na ndị ọzọ bịakọtara ọnụ. Ọ bụ asụsụ ka mmadụ na ibe ya ji ekwukọrịta okwu nke mere na e wepụ asụsụ, ọ ga-ahịa ahụ ịmata ihe mmadụ bu n’uche. Asụsụ bụ otu ihe mere ka mmadụ karịa anụ ndị ọzọ dị n’ụwa elu. Farinde (2005), kwadoro na asụsụ bụ nnukwu ihe bara oke uru mmadụ jiri dị elu karịa anụ ndị ọzọ dị iche iche. Agbụrụ ọbụla nwere asụsụ ha na-asụ be ha. Ndị Igbo dịka agbụrụ, nwere asụsụ nke ha na-asụ bụ asụsụ Igbo. Asụsụ Igbo so n’otu n’ime asụsụ a na-asụ na Naịjirịa nke a na-asụ na mpaghara ọwụwa anyanwụ ala Naịjirịa.

Ọzọ kwa, asụsụ Igbo so n’asụsụ atọ (Awụsa, Igbo na Yoruba) gọvụment etiti ala Naịjirịa wepụtara ka a na-akụzị ma na-elekwa n’ule siniọ sekọndịrị. Ọ bụ n’ihi oke uru ọmụmụ asụsụ bara mere gọvụment etiti Naịjirịa jiri kọwapụta nke ọma n’akwụkwọ Federal Republic of Nigeria (2004) na gọvụment nabatara ma hụ uru asụsụ bara dịka nke e ji akwalite ezi mmekọrịta dị n’etiti mmadụ na ibe ya, nkwụgidesike nke ala Naịjirịa nakwa nchekwaba omenaala dị iche iche. Ya mere nwata ọbụla ga-eji mụọ asụsụ dị na gburugburu ya. N’ịga n’ihu, maka ọ dị mma, ịdịkọ n’otu ala Naịjirịa, nwata ọbụla ga-amụrịrị otu n’ime asụsụ ọdịnaala Naịjirịa: Awụsa Igbo na Yoruba (FRN 2004).

Nke a gosiri na nkụzi na ọmụmụ asụsụ ndị ahụ a kpọrọ aha ebe a dị nnukwu mkpa n’ụlọakwụkwọ Naịjirịa dị iche iche; ma nke praịmarị, sekọndịrị nakwaazị ndị dị elu. Ọmụmụ asụsụ na-amalite site n’ịkpọpụta ụda dị iche iche e ji asụ asụsụ ahụ etu o kwesiri. Ụmụakwụkwọ na-amalite ịmụ asụsụ ọbụla site n’ịkpọpụta mkpụrụ ederede na mkpụrụ ụdaasụsụ ahụ dị na gburugburu ha. Ọ bụ mgbe nwata ọbụla kpọpụtara ụda asụsụ ọ na-amụ maka ya etu o kwesiri ka a ga-asị na ọ mụtala ịsụ asụsụ ahụ nke ọma. N’iji kwado nke a, Ayodele, Oyeleye, Yakubu na Ajayi (1990) kwuru na ebe ọ bụ na asụsụ bara oke uru, ọ dị mkpa ịsụ ya etu o kwesiri n’enweghị ntụpọ. Ha gara n’ihu rụtụ aka na ọ bụrụ na mmadụ a kpọkọọ okwu etu ọ dabaghị, na ọ na-ebute nsesa mpụtara na nghọta okwu ahụ nwere nke ga-eme ka ndị mmadụ ghara ịghọta ihe onye ahụ kwuru. Ya bụ, o kwesiri na mmadụ ga-akpọpụta okwu etu o kwesiri ka onye ọzọ na-ege ntị ghọta ihe o kwuru. Ọ bụ nke a mere na onye na-amụ

asụsụ Igbo ga-agba mbọ jiri Igbo Izugbe wee na-akpọpụta maọbụ na-asụ asụsụ Igbo ọ kachasị n'ụlọakwụkwọ.

Asụsụ Igbo bụ asụsụ ọdịnaala e jiri mara ndị Igbo nke a na-asụ na ndịda ọwụwa anyanwụ Naịjirịa. Ala Igbo ebe a na-asụkarị asụsụ Igbo dịka ndị nwe asụsụ a bụ na steeti ise gụnyere: Abịa, Anambra, Ebọnyị, Enugu na Imo. N' ime asụsụ atọ (Awụsa, Igbo na Yoruba) gọvụmenti nabatara ka a na-akụzi n' ụlọakwụkwọ dị na Naịjirịa, asụsụ Igbo so na ya. Asụsụ Igbo bụ nke ụdaolu. N'ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ, ọ bụ Igbo Izugbe ka a na-akụziri ụmụakwụkwọ. Igbo Izugbe bụ Igbo a nabatara nke e si n'olundị dị iche iche mejupụta e ji asụ ma na-edekwaazị asụsụ Igbo nke abụghị olundị mba ọbụla. Ọraka (1983), kọwara na Igbo Izugbe bụ asụsụ ahụ e sitere n'olundị dị iche iche dị n'Igbo wee wepụta nke a tụrụ anya na onye Igbo ọbụla ga na-aghọta. Oraka gara n'ihu kọwaa na ihe gbasara asụsụ Igbo Izugbe abụghị naanị isite n'olundị dị iche iche e nwere n'Igbo weta okwu ndị ga-enye aka iji mee ka Igbo Izugbe too kama, o metụtara ibite okwu ụfọdụ sitere n'asụsụ dị iche iche ndị e nweghị ihe a ga-akpọ ha n'Igbo. Site n'ụzọ a, Igbo Izugbe bụ nke e hibere ka onye Igbo ọbụla na-asụ nke ga-eme ka ndị ọzọ bụ ndị Igbo ghọta ihe ọ na-ekwu. Emenanjọ, Okolie, Ekwe, Madụakọ (1985) kọwara na Igbo Izugbe bụ olu nke ọ dịghị mba nwe ya. Ha gosipụtara na otu ihe mere olundị ji dị oke mkpa bụ na, a na-esi na ya enweta ọtụtụ mkpụrụokwu ga-abụ myiwere maọbụ ga-akọwa echiche ndị adịghị n'Igbo Izugbe. Nke a dabara n'ihe Ọraka (1983) kwurula n'elu ebe a maka isi n'olundị dị iche iche wee weta okwu ụfọdụ mejụtara Igbo Izugbe iji mee ka o too ma bụrụkwa asụsụ zuru oke.

N'aka nke ọzọ olundị bụ asụsụ ndị ọbụla na-asụ na be ha nke ezughị Igbo niile ọnụ. Ikekeọnwụ, Ezikeojiakụ, Ụbanị na Ugọjị (1999) kọwara na etu mba dị iche iche dị n'ala Igbo si asụ Igbo bụ olundị ha. Nke a pụtara na etu onye Ọnịcha si asụ Igbo dị iche n'etu onye Nsụka, Udi maọbụ Abakiliki si asụ Igbo. Ikekeọnwụ (1986) kewara olundị dị iche iche e nwere n'asụsụ Igbo ụzọ ise gbara ọkpụrụkpụ site n'ileba anya n'usoro ọnọdụ akpọmakpọ na ụtọasụsụ olundị ndị ahụ. Ogbe ise ndị ahụ gụnyere: Igbo ndị Naịja, Igbo ndị Imeobodo ọdịda Anyanwụ, Igbo ndị imeobodo ọwụwa Anyanwụ, Igbo ndị Waawa/ndị Mgbagougwu na Igbo ndị Mba mmiri.  N' ime

ogbe ise ndị ahụ e depụtara n’elu ebe a onye nchọcha lebara anya n’olu Igbo waawa. Igbo Waawa bụ ndị Igbo bi na mpaghara mgbagougwu ala Igbo ndị na-asụ ‘Waawa’ iji zipụta ‘mba’ maọbụ na ha ekwetaghị n’ihe onye ọzọ kwuru. Ndị Igbo Waawa anaghị aza Waawa dịka agbụrụ kama ọ bụ site n’olu na ihe ha na-asụ. Igbo Waawa nwere ụmụ alaka olundị ọzọ mejupụtara ya ndị gunyere: Achị, Udi, Enugwu, Abakaliki, Ọgwụ na Nsụka. Olu Igbo Waawa nwere ụfọdụ njirimara nke gụnyere na ha anaghị eji mgbakwunye nsonazụ (ghị) ezipụta njụ. Mgbakwunye ha ji ezipụta njụ bụ: ‘gụ’ ‘rọ’, ha, ‘dụ’, ‘hụ’, na ‘gh’. Njirimara ọzọ bụ na ha na-eji mgbakwunye ‘me’ ‘ma’ ‘ru’, gwo, na ‘wo’ ezipụta ndịmechaa. Ọzọ kwa ha nwere ụdaume itoolu ndị a: i, ị, e, ε, o,u, a, ọ, ụ, tinyere ụda /∂/ (schwa) na-apụta ihe mgbe ha na-ekwu okwu. Steeti abụọ akachasị asụ olu Waawa bụ n’Ebọnyị na Enugu. Ọ dị mkpa ịrụtụ aka ebe a na ụfọdụ ụmụakwụkwọ ndị siniọ sekọndịrị nọ na Steeti Ebọnyị na Enugu na-eji olu Waawa asụ ma na-edekwa Igbo Izugbe n’ụlọakwụkwọ. Ọmụmatụ pụtara ihe n’okwu ndị a:

| Ọnụọgụ | Olu Igbo Waawa | Igbo Izugbe | Bekee |
|---|---|---|---|
| 1 | Ishi | Isi | Head |
| 2 | waayị | nwanyị | Woman |
| 3 | Weghi | nweghị | Have none |
| 4 | Wa | Nwa | Child |
| 5 | Oye | Onye | Who |
| 6 | Ye | Nye | Give |

N’ịga n’ihu Nnachi (2007) gosipụtara na inwe nka ịsụ asụsụ dabeere n’iwu dị iche iche na-achịkwaba asụsụ ahụ nke bụ ụtọasụsụ. Nke a pụtara na onye na-amụ asụsụ ọbụla ga-edebe iwu dị iche iche dị n’asụsụ ahụ.Ya mere Federal Ministry of Education (2009) (FME) depụtara mbunuche nkụzi asụsụ Igbo:

Mbunuche Gọvụmenti banyere ọmụmụ asụsụ ala Naịjirịa na ọdịdị asụsụ Igbo n’onwe ya na ngwucha ọmụmụ Igbo na sekọndịrị ukwu bụ na a tụrụ anya na nwaafọ Igbo ga-eme mee ihe ndị a:

(a) Ịsụ Igbo Izugbe werewere na nrụrịtaụka maọbụ mkparịtaụka, n’ejije, n’akụkọ mgbaka, n’akụkọ na akụkọ ọbụla;

(b) Ide Igbo Izugbe nke ọma site n’iji ụtọasụsụ dabara adaba, akpaalaokwu na atụmatụokwu dabara adaba, nsoroedide na irighiri ihe ndị ọzọ e ji achọ asụsụ mma;

(c) Ịchịkọta na inyochasị ma na inyochasị ma kọwasịa ụdaasụsụ na ụtọasụsụ Igbo dịka a tụrụ anya n’aka onye ọbụla gụchara sekọndịrị ukwu (pg ii).

Nke a gosipụtara njikere gọvụmenti nwere ịhụ na ụmụ amaala Igbo nwere ezigbo mmụta gbasara asụsụ Igbo. Ọzọ kwa, site na mbunuche nke ‘b’ na nke ‘ch’ dị n’elu ebe a, o gosiri na ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo dị oke mkpa na nkụzi na ọmụmụ Igbo Izugbe n’ihi na ọ bụ site n’iji ụtọasụsụ dabara adaba ka a ga-esi mata na ụmụakwụkwọ amụtala ịsụ na ide Igbo Izugbe. Mbunuche ọmụmụ asụsụ Igbo gara n’ihu kọwapụta na ọ dịkwazi mkpa na ụmụakwụkwọ ga-akọwapụta ụdaasụsụ nke ọma tupu ha agụchaa siniọ sekọndịrị.

Ọ bụ ezie na asụsụ Igbo so n’asụsụ ndị ahụ a na-akụzi n’ala Naịjịrịa mana ọ bụghị ihe dị mfe n’ihi ọtụtụ nsogbu dị iche iche dị na ya nke mere na ụmụakwụkwọ ụfọdụ anaghị eme nke ọma n’ule siniọ sekọndịrị dịka ‘West African Senior Secondary Certificate Eụamination (WASSCE)’. Onyeisi ule West African Eụaminations Council (2012, 2013, 2014) gosiri na pasentị ụmụakwụkwọ gafeere n’ule asụsụ Igbo na steeti Ebonyi n’afọ atọ ndị ahụ bụ 34%, 37% na 35% ebe pesentị nke ụmụakwụkwọ si steeti Enugu n’ime afọ atọ ndị ahụ bụkwa 40%; 42% na 43%. Nke a gosiri na ụmụakwụkwọ emeghi nke ọma n’ule Igbo n’afọ atọ ndị ahụ so onwe ha. Iji kwado nke a, ozi sitere n’aka onyeisi ule West African Eụamination Council (2000; 2002; 2004; 2007; 2008; 2009, 2010, 2011, 2012, 2013, 2014), kọwara na ụmụakwụkwọ emeghị nke ọma n’asụsụ Igbo n’ihi nsogbu ụfọdụ. Otu n’ime nsogbu ndị ahụ bụ ụbara olundị nke jupụtara n’asụsụ Igbo nke mere ọtụtụ ụmụakwụkwọ ji were olundị ha dị iche iche wee na-ede Igbo Izugbe.

N’ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo, ọ kachasị n’akpọmakpọ; ụdaolu bụ otu ihe dị mkpa ịmụ n’ihi na ọ na-ezipụta ndịiche dị na mkpọpụta okwu abụọ yiri onwe ha na nsụpe. Ụdaolu bụ ogoolu maọbụ piichi e ji akpọpụta ụda dị na mkpụrụokwu. N’ihe gbasara ụdaolu, onyeisi ule (WAEC 2000, 2014) depụtara ajụjụ nke abụọ e nyere ụmụakwụkwọ n’ule nke kwuru: “were akaraụdaolu zipụta na nke

ọbụla na mkpụrụokwu ndị a nwere ike inwe nghọta abụọ. Depụta nke ọbụla na bekee. (a) Igwe, (b) eze, (c) azụ, (d) ukwu, (h) ụzọ (i) oke (j) eke. Ọ gara n'ihu kọwaa na ajụjụ ahụ bụ maka ịkanye akara ụdaolu, n'ihi ya, a tụrụ anya na ụmụakwụkwọ ga-egosipụta na okwu ndị ahụ nwere nghọta abụọ maọbụ karịa site n'iji akaraụdaolu mee nke a. Ọtụtụ ụmụakwụkwọ zara ajụjụ ahụ mana ụfọdụ n'ime ha amaghị ebe a na-akanye akara ụdaolu n'ihi na ebe ụfọdụ kanyere ya n'okpuru mkpụrụ ederede; ndị ọzọ tinyere ụdaolu nke ha n'elu mgbochiume karịa n'elu ụdaume.

Etu o sịla dị, onyeisi ule WAEC (2000) nyere ihe a tụrụ anya na ụmụakwụkwọ kwesiri ide nke gụnyere:

Ígwè (bicycle) ìgwè (many)

Ézē (teeth) ázù (fish)

Mmà (knife) mmā (beauty)

N'ịga n'ihu maka ụdaolu, Nwachukwu (1995) kọwara na asụsụ Igbo bụ nke ụdaolu. O kwuru na ọtụtụ ụmụakwụkwọ sekọndịrị maara na asụsụ Igbo bụ nke ụdaolu. Ọzọ kwa, ụdaolu na-ezipụta ndịiche na nghọta okwu abụọ nwere otu nsụpe. Ọ gara n'ihu kọwaa na ọtụtụ ụmụakwụkwọ nọ na mahadum na kọleji k'edukehọn maara na ụdaolu Igbo pụtara ihe n'ụzọ atọ nke gụnyere ụda elu, (/) ụda nsụda (–) na ụdaala (\). Nwachukwu nyere ọmụmaatụ ndị a:

| | | |
|---|---|---|
| Ákwa | HH (//) | 'cry' |
| Àkwa | LL (\\) | 'bed', 'bridge' |
| Àkwá | LH (\ /) | 'egg' |
| Ákwà | HL (/\) | 'cloth' |
| Óke | HH (//) | 'male |
| Òke | LL (\\) | 'share' |
| Òké | LH (\ /) | 'rat' |
| Ókè | HL (/ \) | 'boundary' |

Nkọwa:
HH pụtara ụdaelu ụdaelu //
LL putara ụdaala ụdaala \\
HL pụtara ụdaelu ụdaala / \
LH pụtara ụdaala ụdaelu \ /

Ọzọ kwa, Nwachukwu (1995) gosipụtara na e nwere usoro nkanye ụdaolu abụọ n'Igbo nke gụnyere usoro nke Green na Igwe; na usoro nke P. Akụjụọobi Nwachukwu (PAN). Ọ kọwara na usoro nkanye ụdaolu nke Green na Igwe bụ nke zipụtara ọnọdụ ndị a:

- agaghị akanye akara ụdaolu na nkebiokwu (syllable) ọbụla nwere akara ụdaelu;
- kanye akara ụdaolu na nkebiokwu ọbụla nwere ụdaala;
- kanye ụdansụda niile.

Ọmụmaatụ:

Osisi tree → HHH (ọ dịghị akara)
àchịchà bread → LLL (akara dị na ha niile)
egō money → HS (naanị akara nsụda)
ebō proper name → HS (naanị akara nsụda)
òlekā person's name → LHS (akara ụdaala na nke nsụda)
(Nwachukwu 1995:1)

N'aka nke ọzọ usoro nkanye nke PAN bụ nke nwere ọnọdụ ndị a:

- Iji debezuo iwu, a na-akanye akara ụdaelu, ụdala na nke nsụda na nkebiokwu ọbụla;
- Igosipụta ya n'ọrụ, a na-akanye ụdaolu n'ebe e nwere ndịiche ma hapụ ndị yiri onwe ha;
- Na ngosipụta, ọ bụ naanị akara ụdaelu (/) na ụdaala (\) ka a na-eji ezipụta ndịiche n'ụdaolu. Anaghị akanye akara ụdansụda n'ihi na ọ bụ ụdaelu e sedatụrụ ala.

**Ọmụmaatụ**

| | | |
|---|---|---|
| égó | HS | (money) |
| ébó | HS | (proper name) |
| álú | HS | (abormination) |
| òléká | LHS | (proper name) |
| ònyébúchi | LHS level | (proper name) |

(Nwachukwu 1995:2)

**Nkọwa:** HS pụtara ụdaala; ụdansụda
Ọ dị mkpa izipụta ebe a na ọ bụ usoro nkanye akara ụdaolu nke PAN ka onye nchọcha ga-eji rụọ ọrụ na nchọcha a.Nwaozuzu (2008) kọwara na ụdaolu bụ otu njirimara akpọmakpọ asụsụ Igbo. Ọ gara n'ihu kwuo na olundị dị iche iche n'ala Igbo na-eji ụdaolu ezipụta ndịiche dị n'okwu abụọ maọbụ ahịrịokwu abụọ yiri onwe ha. N'ịga n'ihu ọ bụ n'ihi nnukwu uru ụdaolu bara n'ụtọasụsụ Igbo ka Mbah na Mbah (2014) ji kọwaa sị:

> Amụmamụ asụsụ Igbo agaghị ezu oke ma ọ bụrụ na amụghị gbasara ụdaolu. Ọtụtụ ndị ọka mmụta na-eche na ụdaolu kwesiri ịdị n'akpọmakpọ. Etu o sila dị, onweghi ebe e nwere ike iji bido ụdaolu. Nke a bụ n'ihi na o nweghi mpaghara ọmụmụ asụsụ ụdaolu na-emetụtaghị. E nwere ike ịmụ ya n'akpọmakpọ, mmebe okwu, usorookwu na echiche (pg. 25).

Nke a pụtara na n'agbanyeghi na ụdaolu bara uru n'ụtọasụsụ, o kwesiri na nchọcha a ga-eleba anya n'ihe gbasara ọrụ pụrụ iche ọ na-arụ n'akpọmakpọ dịka o si metụta nchọcha a. O kwesiri na ndị nkụzi ga-akụziri ụmụakwụkwọ mkpọpụta okwu Igbo Izugbe iji zipụta ndịiche dị na nke olundị.

**Nsogbu Nchọcha**

Asụsụ ọbụla dịka asụsụ Bekee, Awụsa, Yoruba tinyere Igbo nwere alaka ụtọasụsụ nke a na-akụziri ụmụakwụkwọ n'ụlọakwụkwọ taa. Ụtọasụsụ nwekwaaziri ụmụ alaka ndị ọzọ mejupụtara ya dịka: Akpọmakpọ, Mọfọlọjị, Sịntaks na Semantiks. A bịa n'ụlọakwụkwọ Siniọ sekọndịrị dị n'ala Naịjirịa, Akpọmakpọ na Mọfọlọjị bụ ndị kachasị pụta ihe n'ihi na ha metụtara usoro akpọmụụda na mmụbaokwu nke bụ ebe mbido ọmụmụ asụsụ dị iche iche. Asụsụ ọbụla nwere akpọmakpọ na fọnịm nke ya. N'otu aka ahụ Igbo Izugbe nwekwara akpọmakpọ nke ya. Ihe gbasara nkụzi akpọmakpọ Igbo n'ụlọakwụkwọ dị iche iche n'ala Naịjirịa adịghị mfe n'ihi na asụsụ Igbo nwere ọtụtụ olundị. Olundị dị iche iche n'ala Igbo nwere fọnịm nke ha nke na-emetụta fọnịm Igbo Izugbe. Igbo Izugbe nwekwaaziri akpọmakpọ na fọnịm nke ya a nabatara

maka ide ya. Ọ bụ nke a mere na akpọmakpọ olundị dị iche iche ji emetụta nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo n'ebe ụmụakwụkwọ nọ taa. N'otu aka ahụ, akpọmakpọ olu Igbo Waawa na-emetụta ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo Izugbe n'ihi na ụmụakwụkwọ ndị siniọ sekọndịrị nọ na Steeti Ebọnyi na Enugwu nke Naịjiriạ na-eji fọnịm olu Igbo Waawa asụ ma na-edekwazi Igbo Izugbe dịka e gosipụtara na ntọala nchọcha a.

Ụdị ọnọdụ a na-eweta mgbanwe na nghọta okwu ụfọdụ nwere n'ihi na e were fọnịm adabaghị dee ha, ọ ga-eweta ndịiche na nghọta okwu ndị ahụ nwere. Nke ọzọ, ọnọdụ dị etu a na-emetụta ụmụakwụkwọ ndị sịniọ sekọndịrị dị na Steeti Ebọnyi na Enugwu nke Naịjiriạ na-ele ule sịniọ sekọndịrị bụ 'SSCE' n'ihe gbasara ụdaasụsụ nke akpọmakpọ na-amụ maka ya. Onyeisiule 'WAEC' (2002; 2003; 2004; 2007; 2008; 2009; 2010; 2011 na 2012; 2013; 2014), kwekọrịtara na ụmụakwụkwọ anaghị eme nke ọma n'ihe gbasara ụdaasụsụ n'ihi na ụfọdụ amaghị ihe ọ bụ ebe ụfọdụ na-eji akpọmakpọ olundị ha ede nke a. Tinyere nke a, onye nchọcha sobu wee na-atụcha maọbụ eleba anya n'akwụkwọ ụmụakwụkwọ n'ule 'WASSCE' n'oge gara aga wee chọpụta na ụmụakwụkwọ na-eri mperi ebe ọ dị ukwuu n'ihe gbasara ụdaasụsụ Igbo.

Ọ bụ ihe ndị a mere onye nchọcha ji wee na-ajụ: kedu ka ụdaolu olu Igbo Waawa si emetụta ụmụakwụkwọ n'itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo Izugbe n'ụlọakwụkwọ siniọ sekọndịrị dị na Steeti Ebọnyị na Enugu. Nke a gosiri na ụdaolu bụụrụ ụmụakwụkwọ nsogbu, nke o nwere ike ọ bụrụ olundị ha na-emetụta ha n'ịmụ maka ụdaolu Igbo Izugbe.

### Mbunuche Nchọcha

Mbunuche izugbe nchọcha a bụ inyocha mmetụta ụdaolu olu Igbo Waawa na-emetụta ụmụakwụkwọ n'itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo Izugbe n'ụlọakwụkwọ siniọ sekọndịrị dị na Steeti Ebọnyị na Enugu. Nchọcha a lebakwaziri anya n'ihe a:

1. igosipụta etu ndịiche dị n'ụdaolu olu Igbo Waawa si emetụta ụmụakwụkwọ n'itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo Izugbe.

**Oke Nchọcha**

Ebe nchọcha a jedebere bụ n'ụlọakwụkwọ siniọ sekọndịrị nke abụọ niile dị na Steeti Ebọnyị na Steeti Enugu ebe a na-asụ Waawa. Ihe mere onye nchọcha jiri họrọ ụmụakwụkwọ ndị siniọ sekọndịrị nke abụọ maka ime nchọcha a bụ na ha anọọla ihe ruru afọ abụọ maọbụ karịa n'ụlọ akwụkwọ ndị ahụ ma nwee ike ịkpọpụta mkpụrụụdaasụsụ Igbo dị iche iche. Nke ọzọ, ụmụakwụkwọ ndị siniọ sekọndịrị nke abụọ ndị ahụ bụ ndị lere ule siniọ sekọndịrị n'afọ bụ 2017. Ihe kpatara onye nchọcha jiri họrọ Steeti Ebọnyi na steeti Enugu bụ na ọ chọpụtara na ụmụakwụkwọ nọ ebe ahụ na-ejikarị olundị ha asụ ma na-edekwa Igbo n'ihi na ọ bụ na steeti abụọ ahụ ka a na-asụ olu Waawa. Nke ọzọ, ọ bụkwaazi ebe dịịrị onye nchọcha mfe inweta ngwaọrụ o ji mee nchọcha a. O lebara anya na mmetụta ụdaolu okwu Igbo waawa n'itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo izugbe.

**Ajụjụ Nchọcha**

Iji duzie nchọcha a, onye nchọcha hibere ajụjụ nchọcha a:

1. Kedu etu ndịiche dị n'ụdaolu olu Igbo Waawa si emetụta ụmụakwụkwọ n'itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo Izugbe?

**Atụtụ Mmụgharị**

**Atụtụ Ọmụmụ Mmekọrịta Mmadụ na Ibe ya**

Atụtụ ọmụmụ mmekọrịta mmadụ na ibe ya bụ nke Bandura (1925) wepụtara iji gosi etu ndị mmadụ si amụta ihe n'aka ndị ọzọ site n'iṅomi na mmekọrịta n'etiti onwe ha. Bandura bụ otu onye n'ime ndị tụpụtara atụtụ a aha ya kacha pụta ihe. Ihe pụtara ihe nke ukwu n'atụtụ a bụ na omume/agwa na-esite na mmekọrịta dị n'etiti mmadụ na ibe ya n'ụdị nṅomi. Bandura kwenyere na site n'ilele omume maọbụ ka ndị ọzọ si eme, mmadụ na-esite etu ahụ amụta ihe ọhụrụ. Atụtụ a na-egosipụta etu mmekọrịta dị n'etiti mmadụ na ibe ya si eweta mmụta ihe ọhụrụ nke ga-enyere ya aka igbo mkpa dị iche iche nke gbagwojuru ya anya. Dịka Nnachi (2007) siri kwuo, ọmụmụ mmekọrịta mmadụ na ibe ya bụ ụdị ọmụmụ nke na-apụtakarị ihe n'ụdị nlele anya maọbụ nṅomi nke ụmụanụmanụ dị iche iche siri amụta ihe site na nlele na nṅomi anụ maọbụ mmadụ iji

wee nwee ike tozuo ịbụ onye otu ahụ maọbụ ijụ nnabata otu ahụ. Iji maa atụ, ụdị akwa onye nkụzi, etu o siri akpa agwa na ụdị mmadụ ọ bụ ka ụmụakwụkwọ na-eṅomiri maka na ha nwere ike chọọ ịdị ka onye nkụzi ha.

Ụmụakwụkwọ dị etu a na-amalite ime ihe onye nkụzi mere iji wee dị ka onye nkụzi ahụ. N'aka nke ọzọ, ụfọdụ ụmụakwụkwọ nwere ike ghara ịmụ ịkpa ụdị agwa onye nkụzi maọbụ ike ekike ko o si eke. N'otu aka ahụ, n'ihe gbasara akpọmakpọ Igbo, bụ mkpọpụta ụda dị iche iche, mgbe onye nkụzi na-akụzi akpọmakpọ nke na-amụ maka mkpụrụụda/fọnim asụsụ dị iche iche, ihe ga-abụ mbunuche o ji akụzi ya bụ ka ụmụakwụkwọ nwee ike kpọkọnwuo ụda ọbụla etu onye nkụzi siri kpọkọ ya. Onye nkụzi ga-edetu ụda ọbụla na mgboodee, ebe ọ ga-abụ ọ na-akpọpụta ha ụmụakwụkwọ a na-eṅomiri ya site n'ikwu ihe o kwuru na nlele anya. N'ụzọ dị etu a, asụsụ onye nkụzi nwere ike imetụta asụsụ ụmụakwụkwọ. Ọ bụrụ na onye nkụzi ahụ ji olundị ya akpọpụta ụda ndị ahụ, ụmụakwụkwọ nwere ike sorokwa ya jiri olundị ya wee na-asụ asụsụ n'ihi na ọmụmụ ihe ebe a bụ n'ụdị nṅomi na nlele anya. Mana e nwere ike ụfọdụ ụmụakwụkwọ agaghị anabata nke a. Ụmụakwụkwọ dịka ndị na-enwe mmekọrịta n'etiti ibe ha, bụ ndị ha na ndị mmadụ dịka nne na nna, ụmụnne, otu ọgbọ na ndị ọzọ bi na gburugburu ha na-ebikọ ọnụ.

Site na mmekọrịta dị n'etiti ha na ndị ọzọ, ụmụakwụkwọ na-eṅomiri omume ndị ahụ ndị mmadụ na-eme nke nwere ike metụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta ụdaasụsụ ahụ. Site n'ihe niile a kọwara n'elu ebe a, ọ dị mkpa ikwu na ọmụmụ mmekọrịta mmadụ na ibe ya dabara na nchọcha a n'ihi na ụmụakwụkwọ na-amụ asụsụ dị iche iche site n'iṅomiri na ilele etu onye nkụzi sị akpọpụta mkpụrụụdasụsụ dị iche iche. Iji kwado nke a Mgbodile na Iwuh (2000), kọwara na ụmụaka na-amụta ọtụtụ ihe site n'iṅomiri ndị okenye na ụmụaka ndị ọzọ. Ụmụaka na-elele ihe ndị ọzọ na-eme nke masịrị ha dịka ikwu okwu, ịga ije, ide ihe na iyi akwa. Otu ihe pụtara ihe ebe a dịka o siri metụta nchọcha a bụ na ụmụaka na-eṅọmi etu ndị okenye na ndị ọzọ siri ekwu okwu nke metụtara mkpọpụta ụda dị iche iche e nwere n'asụsụ na itinye akara ụdaolu etu o kwesiri.

**Nchọcha A Hụrụ Anya**

N'ihe gbasara ụdaolu, Nkamigbo (2013) mere nchọcha n'isiokwu a kpọrọ 'Tone and Syllable structure in Jàbà Language' na Bekee. Ebe ọ nọrọ mee nchọcha a bụ na steeti Kaduna dị na mgbagougwu Naịjiriạ nakwa n'akụkụ ụfọdụ na steeti Kwara. Nkamigbo ji usoro 'Eụpost-facto wee mee nchọcha ya. Maka nnweta ngwa ọrụ nchọcha, Nkamigbo ji tepu rekọdo wee dọrọ asụsụ ndị ụfọdụ gụrụ akwụkwọ bụ ndị nwe asụsụ 'Jàbà' ma na-asụkwa asụsụ ọzọ dịka Bekee.

Nchọpụta nchọcha Nkamigbo gosiri na ụdaolu asụsụ Jàbà nwere ụdaelu (/) ụdaala (\) na ụdansụda (–) etu o si dị n'asụsụ Igbo. Ọzọ kwa, ọ chọpụtara na anaghị akanye akara ụdansụda n'asụsụ Jàbà. Nchọcha Nkamigbo dabara na nchọcha a niihi na ha abụọ metụtara nkanye akara ụdaolu n'okwu Igbo nakwa nke Jàbà. Ọzọ kwa, ebe Nkamigbo ji 'Eụpost-facto' wee mee nchọcha ya, onye nchọcha jikwazi eụpost-facto wee mee nke ya. Nkamigbo ji tepu rekọda dịka ngwa ọrụ o ji dọrọ ụsa ndị nzamajụjụ ya. N' otu aka ahụ onye nchọcha jikwazi tepu rekọda wee dọrọ mkpọpụta ụda ụmụakwụkwọ kpọpụtara. Ebe nchọcha Nkamigbo si dị iche na nke a na-eme ugbua bụ na o mere nchọcha ya n'asụsụ Jàbà mana onye nchọcha bụ na asụsụ Igbo ka ọ mere nke ya. Ọ bụ na Steeti Kaduna na Steeti Kwara ebe a na-asụ 'Jàbà' ka Nkamigbo nọrọ mee nchọcha ya; ebe a nọ mee nchọcha nke a bụ na Steeti Ebọnyị na Enugu.

Na nchọcha nke ya, Udemmadụ (2012) n'isiokwu a kpọrọ "The Issue of Ambiguity in the Igbo Language" n'asụsụ Bekee, gosiri na e nwere mgbagwojuanya n'asụsụ Igbo nke na-apụta ihe n'ihe ọ kpọrọ homograf; bụ okwu ndị nwere otu nsụpe mana nghọta/mpụtara ha dị iche. O gosiri na ọ bụ akara ụdaolu ka a na-eji ezipụta ndịiche dị n'okwu ọbụla nwere myiri na nsụpe maọbụ na mkpọpụta. O nyere ọmụmaatụ ndị a:

ákwá – 'cry'

àkwà – 'bed'

ákwà – 'cloth'

àkwá – 'egg'

N’ime nchọcha ndị ahụ emerela, o nweghị nke metụtara ụdaolu Igbo Waawa. Nke a mere onye nchọcha ji mee nchọcha a iji chọpụta mmetụta ndịiche dị n’ụdaolu Igbo Waawa n’ịkanye akara ụdaolu n’okwu Igbo Izugbe n’ogo siniọ sekọndịrị na steeti Ebonyi na Enugu.

**Usoro Nchọcha**

**Ụdị Nchọcha**

Ụdị nchọcha e ji mee nchọcha a bụ nke Ekspostu Fakto (Eụpost facto design). Ekspostu fakto bụ ụdị nchọcha onye nchọcha ji achọpụta mmetụta otu ihe maọbụ ọnọdụ nwere n’ebe ihe ọzọ dị. Ya bụ, ụdị nchọcha na-eleba anya n’ihe kpatara ihe jiri mee mgbe otu ọnọdụ metụtara nke abụọ nke nwere ike ịpụta ihe n’ezi mmetụta maọbụ nke ọjọọ. Iji kwado nke a, Ali (2006) kọwara na Ekspostu fakto (Eụpost facto) bụ ụdị nchọcha a na-eji atụle mmetụta dị n’etiti agbammbọ nke otu/ogbe mmadụ abụọ. Ya bụ ịchọpụta ihe mere na ndị otu ‘a’ ka mee nke ọma karịa ndị otu ‘b’ n’otu nnwale maọbụ nke ọzọ. N’ịga n’ihu Nworgu (2006) kọwara Ekspostu-fakto dịka ụdị nchọcha  nke e ji ezipụta ka otu ọnọdụ si emetụta ọnọdụ ọzọ, dịka ịbụ oke maọbụ nwaanyị/jenda, ebe a rụnyere ụlọakwụkwọ, ọ bụ ime obodo ka ọ bụ obodo mepere emepe?

Ihe kpatara onye nchọcha ji họrọ ụdị nchọcha a bụ na o metụtara ileba anya etu otu ihe maọbụ ọnọdụ siri emetụta nke ọzọ. N’ihi nke a, isiokwu nchọcha a gbasara mmetụta ụdaolu Igbo Waawa na-emetụta ụmụakwụkwọ n’itinye akara ụdaolu n’okwu Igbo Izugbe. Ụdị nchọcha a dịkwaazị mkpa iji chọpụta ihe dị ụmụakwụkwọ n’ime dịka mkpọpụta ụdaasụsụ dị iche iche.

**Ebe Nchọcha**

Ebe e mere nchọcha a bụ na Steeti Ebonyi na Steeti Enugwu. Steeti abụọ ndị ahụ so na steeti ise mejupụtara ala Igbo ndị gụnyere Abịa, Anambra, Ebonyi, Enugu na Imo. Onye nchọcha họọrọ Steeti Ebonyi na Enugu dịka ebe nchọcha n’ihi na isiokwu nchọcha ya dabeere n’olu Igbo Waawa maka na ọ bụ ebe ndị ahụ ka a na-asụ Waawa. Ihe mere onye nchọcha jiri họrọ ebe a dịka ebe nchọcha bụ na onye nchọcha chọpụtara na ụmụakwụkwọ ndị siniọ sekọndịrị nọ na Steeti Ebonyi na nke Enugwu na-ewebatakarị olu

Igbo Waawa mgbe ha na-asụ ma na-ede Igbo Izugbe nke mere ha ji ada n'ule dị iche iche n'Igbo n'ụlọakwụkwọ.

**Ndị Njirimee Nchọcha**

Ndị e ji mee nchọcha a bụ ụmụakwụkwọ ọnụọgụ ha dị 15, 684 (puku iri na ise, nari isii, iri asatọ na anọ) nọ n'ogo siniọ sekọndịrị nke abụọ (SS II) ma na-agụ akwụkwọ n'ụlọakwụkwọ ebe ndị nwoke na ndị nwanyị na-agụkọ akwụkwọ ọnụ na steeti Ebọnyị na nke Enugu. Ọnụọgụ ụmụakwụkwọ ndị ahụ bụ ndị nọ n'agbata agụmakwụkwọ afọ 2016/2017. N'ime ọnụọgụ ahụ ụmụakwụkwọ nọ na steeti Ebonyi dị 3,084 (puku atọ na iri asatọ na anọ) ebe ndị nke Enugu dị 12,603 (puku iri na abụọ, nari isii na atọ).

Ọnụọgụ ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị nke abụọ ndị ahụ bụ nke e nwetara na 'Research Planning and Statistics, Secondary School Unit, Federal Ministry of Education Abuja, 2016'. N'aka nke ọzọ ọ bụ n'ụlọọrụ na-ahụ maka mmụta n'ogo sekọndịrị dị n'Enugu n'alaka na-ahụ maka mgbakọ na mwepu (Audit and Statistical Unit) ka onye nchọcha si nweta ọnụọgụ ụmụakwụkwọ nakwazi ụlọakwụkwọ e ji mee nchọcha a. Onye nchọcha nwetara ọnụọgụ nchọcha a ebe ndị ahụ a kpọrọ aha n'ihi na ọ bụ ha ka nchịkwaba ụlọakwụkwọ sekọndịrị niile Gọvụmentị steeti Enugu dị n'aka (Post Primary Schools Management Board).

Ihe kpatara onye nchọcha ji họrọ ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị nke abụọ bụ na ha anọọla ihe ruru afọ atọ ma na-amụ ụtọasụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ. Nke ọzọ, bụ na ha lere ule SSCE n'afọ 2017.

**Nsere na Usoro Nsere**

Onye nchọcha seere ụmụakwụkwọ ọnụọgụ ha di 1, 555 (otu puku, nari ise, iri ise na ise) nke nọchitere pesentị 10% (iri) mgbakọta ọnụọgụ nchọcha dị 15, 684 (puku iri na ise, nari isii, iri asatọ na anọ). Onye nchọcha ji usoro nsere nke nhọ na nha tụmbọm tụmbọm (proportionate stratified random sampling techniọue) wee sere ọnụọgụ ahụ. Ali (2006) na Nworgu (2006) kọwara na "proportionate stratified random sampling techniọue" bụ ụdị usoro nsere a na-eji esere ọnụọgụ nchọcha mgbe ndị a ga-eji mee nchọcha

metụtara ihe ndị a: jenda, ébe nchọcha, ndị toro ogologo, ndị dị mkpụmkpụ, ndị maara akwụkwọ na ndị amaghị akwụkwọ.

**Ngwa Nchọcha**

Ngwa nchọcha onye nchọcha ji mee nchọcha bụ Nnwale Mmetụta Ụdaolu Igbo Waawa n'ikanye akara ụdaolu n'okwu Igbo Izugbe (NMỤIWIAUII) nke nwere ndịna iri na ise.

**Nnyocha Ngwa Nchọcha**

Iji hụ na ngwa nchọcha ndị ahụ e ji mee nchọcha a tozuru oke maka inweta ihe ọrụ e ji mee nchọcha a, onye nchọcha weere ha nyefee n'aka ndị ọkammụta mmadụ atọ nọ na fakọlti keedukeshọn, Mahadum Naịjirịa dị na Nsụka ka ha nyochaa ha iji hụ na ha zuru oke maka ime nchọcha a. Aro na mgbazi ha nyere aka mee ka ngwa nchọcha ndị ahụ bụrụ nke a hazigharịrị ka ha nwee ike rụọ ọrụ ha kwesiri ịrụ. Ọ bụ site na mgbazi na ntụzi aka ha nyere ka onye nchọcha ji hazie ngwa nchọcha ndị ahụ etu ha dị n'ọrụ a.

**Usoro Nnweta Ihe Nchọcha**

Onye nchọcha gara n'ụlọ akwụkwọ 20 (iri abụọ) ndị ahụ e jiri mee nchọcha kee ụmụakwụkwọ ngwa nchọcha site n'enyemaka ndị nkụzi iri abụọ na-akụzi Igbo bụkwanụ ndị onye nchọcha nyere nkọwa abalị anọ maka nke a. Ihe kpatara nkọwa a onye nchọcha ji were abalị anọ bụ na o ji abalị abụọ wee gazuo ụlọ akwụkwọ isii dị na Nsụka so n'ihe e ji mee nchọcha ma werekwa abalị abụọ ọzọ wee gaa ụlọakwụkwọ isii ndị nọ n'ebe mepere emepe na ebe emepeghị emepe n'Enugu.

Onye nchọcha ji abalị nke ise wee gaa Ebọnyị wee kọwakwaara ndị nkụzi enyemaka nchọcha gbasara iji ngwa ndị ahụ wee nweta ọsịsa ụmụakwụkwọ.

Onye nchọcha ji NMỤIWIAUII wee kee ụmụakwụkwọ ndị ahụ iji nweta ọsịsa ha n'ihe gbasara mmetụta ụdaolu, Igbo waawa na-emetụta ụmụakwụkwọ n'itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo Izugbe. Onye nchọcha gbara mbọ site n'enyemaka ndị nchọcha wee

nakọta ngwa ndị ahụ maka nhazi data, mgbe izuụka atọ ndị Bekee gachaara.

**Usoro Nhazi Ihe Nchọcha**

Onye nchọcha ji ngwa mgbakọ na mwepụ pesentị, wee hazie ma tụchaa ihe ọrụ/data e nwetara na nchọcha a. Ọ bụ ngwa mgbakọ na mwepụ pesentị ka e ji wee tụcha ihe e nwetara site na nnwale na nke nkanye ụdaolu.

Ndịna ọbụla nwere bido na pesentị iri ise (50%) gbagowe ka a nabatara na nchọcha a, ebe ndị nwere opekaa mpe pesentị iri ise (50%) bụ nke anabataghị na nchọcha a.

**Ajụjụ Nchọcha Nke Atọ:**

Kedu etu ndịiche dị n'ụdaolu olu Igbo Waawa si emetụta ụmụakwụkwọ n'itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo Izugbe?

Ọsịsa e nwetara n'ajụjụ nchọcha nke atọ gbasatra etu ụdaolu olu Igbo Waawa si emetụta ụmụakwụkwọ na nkanye akara ụdaolu pụtara ihe na tebul a.

| Ọgụ | Ndịna/Ndepụta Mkpụrụokwu | Ogo Mbịam ugboro ugboro (Frikwensi) | Pesentị | Mkpebi |
|---|---|---|---|---|
| 1 | okpu | 376 | 24.2 | ONM |
| 2 | ntị | 256 | 16.5 | ONM |
| 3 | anya | 272 | 17.5 | ONM |
| 4 | anwụ | 192 | 12.3 | ONM |
| 5 | ego | 202 | 13.0 | ONM |
| 6 | ahụ | 181 | 11.6 | ONM |

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| 7 | akị | 188 | 12.1 | ONM |
| 8 | nkenke | 148 | 9.5 | ONM |
| 9 | Osisi | 158 | 10.2 | ONM |
| 1 | ala | 232 | 14.9 | ONM |
| 1 | akwụkwọ | 187 | 12.0 | ONM |
| 1 | oche | 232 | 14.9 | ONM |
| 1 | ọnụ | 141 | 9.1 | ONM |
| 1 | ụdara | 154 | 9.9 | ONM |
| 1 | nkụ | 197 | 12.7 | ONM |

**Tebul Nke Mbụ: Akara pensentị na-egosi etu ndịiche dị n'ụdaolu olu Igbo Waawa si emetụta Ụmụakwụkwọ n'itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo Izugbe.**

Tebul nke a na-egosi pesentị agbammbọ ụmụakwụkwọ n'ịkanye akara ụdaolu n'okwu Igbo Izugbe. O gosikwara na o nweghi pesentị ọbụla n'ime pesentị ndị ahụ ruru 50% (iri ise) bụ pesentị ọnọdụ mkpebi ndị a nabatara na nchọcha a. Malite na mkpụrụokwu nke iri atọ na otu wee ruo na nke iri anọ na ise, nwere pesentị ndị a n'otu n'otu n'usoro ha: 24.2% (pesentị iri abụọ na anọ kpọm abụọ); 16.5% (pesentị iri na isii kpọm ise); 17.5% (pesentị iri na asaa kpọm ise); 12.3% (pesentị iri na abụọ kpọm atọ); 13.0% (pesentị iri na atọ kpọm efu); 11.6% (pesentị iri na otu kpọm isii); 12.1% (pesentị iri na abụọ kpọm efu); 9.5% (pesentị itoolu kpọm ise); 10.2% (pesentị iri kpọm abụọ); 14.9% (pesentị iri na anọ kpọm itoolu); 12.0% (pesentị iri na abụọ kpọm efu); 14.9% (pesentị iri na anọ kpọm itoolu); 9.19 (pesentị itoolu kpọm otu); 9.9% (pesentị itoolu kpọm itoolu) na 12.7% (pesentị iri na abụọ kpọm asaa). Nke a gosiri na ụmụakwụkwọ emeghi nke ọma n'ịkanye akara ụdaolu na mkpụrụokwu iri na ise e nyere ha. Ọ pụtara na ụdaolu olu Igbo Waawa na-emetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo Izugbe.

**Mkparịta ụka maka Ihe A Chọpụtara**
**Etu Ndịiche dị N'ụdaolu Igbo Waawa si Emetụta Ụmụakwụkwọ N'itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo Izugbe.**

N'ebe a, nchọpụta nchọcha a gosiri na ndịiche dị n'olu Igbo Waawa na-emetụta ụmụakwụkwọ n'ịkanye akara ụdaolu n'ahịrịokwu Igbo Izugbe maọbụkwanụ n'ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo. Nke a bụ n'ihi na tebul nke a gosiri na e nweghị pesentị ndịna ọbụla ruru 50% (pesentị iri ise). Pesentị ndịna malite na nke iri atọ na otu wee ruo na nke iri anọ na ise bụ: 24.2%; 16.5%; 17.5%; 12.3%; 13.0%; 11.6%; 12.1%; 9.5%; 10.2%; 14.9%; 12.0%; 14.9%; 9.1%; 9.9% na 12.7%. Nke a gosipụtara na o nwere ezigbo mmetụta n'ebe ụmụakwụkwọ nọ n'ihi na ọtụtụ ụmụakwụkwọ ji olundị ha wee kanye akara ụdaolu n'okwu ndị ahụ. Ịma atụ, ndị Nsụka na-eji ụdaala (\) ezipụta ahịrị nkwere ma jiri ụdaelu (/) ezipụta ahịrị ajụjụ. Ọ bụrụ na onye Nsụka ekwuo sị: Ànọ m ebe a? N'agbanyeghi na ahịrịokwu ahụ bụ ajụjụ nke e ji akara ụdaala egosipụta n'Igbo Izugbe; n'olundị Nsụka, ahịrịokwu ahụ zipụtara nkwere iji gosi na onye ahụ nọ ebe a mana n' Igbo Izugbe; ahịrịokwu ahụ na-ezipụta ajụjụ. Nke a pụtara na ọ na-emetụta ha n'ịkanye akara ụdaolu. Ọzọ kwa ọtụtụ ụmụakwụkwọ amaghị ihe gbasara akara ụdaolu Igbo n'ihi na ụfọdụ n'ime ha ji akara ngosi bụ '→', na akara nzatara ajụjụ bụ '√' na akara ndị ọzọ wee mere akara ụdaolu n'okwu ndị ahụ e nyere ha. Onyeisi ule WAEC (2000; 2014) kọwara na ụfọdụ ụmụakwụkwọ amaghị ebe a na-akanye akara ụdaolu n'ihi na ebe ụfọdụ kanyere ya n'okpuru mkpụrụ ederede; ndị ọzọ tinyere ụdaolu ha n'elu mgbochiume karịa n'elu ụdaume. N'ihi uru ụdaolu bara n'ụtọasụsụ Igbo ka Mbah na Mbah (2014) ji kọwaa na amụmamụ asụsụ Igbo agaghị ezu oke ma ọ bụrụ na amụghị gbasara ụdaolu n'ihi na ụdaolu metụtara mpaghara ndị a n'ọmụmụ asụsụ Igbo - akpọmakpọ, mmebe okwu, usorookwu na echiche. Ọ bụ nke a mere o ji dị mkpa na ụmụakwụkwọ ga-amụ etu esi akanye akara ụdaolu Igbo n'ihi na asụsụ Igbo bụ nke ụdaolu.

**Mmechi**

Na mmechi, ọ dị mkpa ịrụtụ aka n'isi ihe a chọpụtara na nchọcha a nke gosiri na ụdaolu olu Igbo Waawa na-emetụta ụmụakwụkwọ ndị Waawa n'ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo Izugbe.

**Ntụnye Aro**

Site na nchọpụta nchọcha e nwetara na nchọcha a ka onye nchọcha ji atụnye aro na Gọvụmentị kwesiri ịchịkọbara ndị nkụzi ọzụzụ mmụgharị ebe a ga-akpọta ndị nkụzi ọbịa nleta na-akụzi asụsụ Igbo sitere mahadum na kọleji k'edukeshọn ịkụziri ha ịkanye akara ụdaolu Igbo. Ndị nkụzi n'aka nke ọzọ ga-agba mbọ kụziere ụmụakwụkwọ maka ịkanye akara ụdaolu Igbo Izugbe.

**Edensịbia**

Ali, A. (2006). *Conducting Research in Education and the Social Sciences*. Enugu: Tashiwa Networks .

Ayodele, S.O.; Oyeleye, A.L.; Yakubu, S.O.; & Ajayi, D.A. (1990). *General English: A Course for Tertiary Levels*. Ibandan: Paperback Publishers.

Bandura, A. (1925). *Social Learning Theory*. Englewood Cliff N.J: Prentice Hall.

Emenajọ, E.N.; Okolie, O.O.; Ekwe, B.U.; & Madụakọ, O.N. (1985). *Igbo Maka Siniọ, Sekọndịrị 4*.Ibadan: Univeristy Press.

Farinde, R.O. (2005). Nigerian Languages in Education and National Development: *Journal of Teacher Education*. 8(1) 19-25.

Federal Ministry of Education (2009). *Senior Secondary School Curriculum Igbo for Secondary Schools*. Abuja: NERDC.

Federal Republic of Nigeria (2004*). National Policy on Education*. Lagos: NERDC Press.

Ikekeọnwụ, C. I.; Ezikeọjiakụ, P.A.; Ubanị A.I.; & Ugoji (1999) *Fọnọlọji na Grama Igbo*. Ibandan: African Press .

Ikekeonwu, C.I. (1986). A Leụico-Phonotactic Study of Northern Igbo Dialects. *Unpublished PhD Thesis*, Department of Linguistics and Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka.

Mbah, B.M. & Mbah, E.E. (2014). *Atụtụ Amụmamụ Asụsụ*. Nsukka: University of Nigeria Press.

Mgbodile, T.O.; & Iwu, L.I. (2000). *Understanding Children. A better way to Child's useful upbringing*. Enugu: Magnet Business Enterprises.

Nkamigbo, L.C. (2013). *Tone and Syllable Structure in jàbá*. Society for Research and Academic Eụcellence (SRAE). Retrieved on February, 26, 2015 from http:www.academiceụcellencesocietyandsyllablestructurein jàbá.html.

Nnachi, R.O. (2007). *Advanced Psychology of Learning and Scientific Enọuiries*. Owerri: Totan Publishers.

Nwachukwu, P.A. (1995). *Tone in Igbo Syntaụ*. Nsukka: Igbo Language Association.

Nwaozuzu, G.I. (2008). Dialects of Igbo Language. Nsukka: University of Nigeria Press Ltd.

Nworgu, B.G. (2006). *Educational Research: Basic Issues and Methodology*. Nsukka: University Trust Publishers.

Oraka, L.N. (1983). *The Foundations of Igbo Studies.* Onitsha: University Publishers.

The African West Eụaminations Council (2000, 2002, 2003, 2004, 2007, 2008, 2009, 2010, 2011, 2012). *Chief Eụaminers' Reports Nigeria.* Lagos: WAEC.

Udemmadụ, T.O. (2012). The Issue of Ambiguity in Igbo Language. *An International journal of literature and Gender Studies. Bahir Dar, Ethiopia.* Retrieved on February 26, 2015 from http:www.afrrevojo.net/afrrevlaligens/vol.1(1)art9UdemmaduT.O.pdf.

## Mmesonye na Ikikere Asụsụ ndị Dibịa Ahụike n'Igbo

nke

**Crescentia N. Ugwuona**
**Ngalaba Lingwistiiks, Igbo na Asụsụ Naijiria ndị Ọzọ**
**Mahadum Naịjịrịa, Nsụka**
crescentia.ugwuona@unn.edu.ng **+234(0)7036832566**

**Ụmịedemede**

Nchọcha a gbadoro ụkwụ n'itule mmesonye na ikikere asụsu ndị dibịa ahụike- dibịa mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ Igbo (DMI) n'ebe asụsu Igbo na ọgwụ ha dị. Ọ ga-enyochakwa etu ha si emesonye asụsu Igbo; nakwa itule mmesonye ndị n'azụrụ ọgwụ DMI n'ebe asụsụ Igbo dị. Ọ bụ ihe doro anya na ahụike na asụsụ na-agakọ ọnụ ma sorokwa n'ihe kachasị mkpa na ndụ mmadị n'ụwa niile. Mana o nwebeghi ezi nchọcha gbadoro ụkwụ na mmesonye na ikikere asụsụ ndị DMI n'ebe asụsụ Igbo na ọgwụ ha dị. A ga-eji ajụjụ ọnụ, nke ederede, nakwa nọrọ lere wee nakọta ngwa chọcha. A ga-eji atụtụ sosiolingwistiks gbadoro ụkwụ na nkọwasị wee tụcha ma nyochaa ngwa chọcha. Nchọpụta gosiri na mmesonye na ikikere asụsụ ndị DMI n'ebe asụsụ Igbo na ọgwụ ha dị ejughi afọ ncha ncha; ọtụatụ ndị Igbo nakwa ndị ọchịchị anaghị akwado asụsụ Igbo etu o kwesiri. Nleda na nleghara anya ndị DMI n'ebe asụsụ Igbo na ọgwụ ha dị sitere ka ha siri hụ ma werekwa asụsụ ha. A tụnyere aro ka ndị dibịa ahụike niile n'Igbo na-ahụ asụsụ Igbo n'anya, jiri ya na-akọwa, ere, ma na-ekesakwa ọgwụ ha na mpaghara ụlọ ọgwụ dị iche iche nakwa n'Igbo niile. A tunyekwara alọ ka DMI niile na-ahụ asụsụ Igbo n'anya ma jiri ya na-akọwa ọgwụ ha, nakwa ka a ga na-esi aṅụ ọgwụ ha chọpụtara; ọ ga-adịkwa mma ma asụsụ Igbo bụrụ otu n'ihe e ji aba mahadum, ọ kacha ndị ga-agụ maka ahụike; ndị otu asụsụ Igbo dị iche iche inye aka n'ịkwalite asụsụ Igbo. Nchọcha a ga-aba uru n'ebe ihe ọmụmụ gbasara sosiolingwuistiks (mmesonye asụsụ) nakwa nkwado ihe ọmụmụ gbasara asụsụ Igbo na ikikere asụsụ dị.

**Mkpọlite**

Nelson Mandela nwere mgbe o kwuru sị: “I jiri asụsụ mmadụ na-aghọta gwa ya okwu, ọ banye ya n’isi, mana i jiri asụsụ mmadụ gwa ya okwu, ọ banye ha n’uche’’. Ọtụtụ ndị nchọcha (Umo, na Ezema, (2007).Nwadike, 2002; Ugwuona na Ikeokwu, 2015 dgz) emela ezi nnyocha maka iji asụsụ Igbo arụ ọrụ n’ebe dị iche iche dịka n’ezinụlọ, ụlọ akwụkwọ, ụlọ ọrụ mgbasa ozi, azụmahịa, okporo ụzọ, ụlọ ọba egọ dgz. Mana o nwebeghi ezi nchọcha gbadoro ụkwụ n’ikikere asụsụ ndị dibịa ahụike n’ebe asụsụ Igbo na ọgwụ ha dị. E nweghi ezi mmesonye n’ebe ikikere asụsụ epum dị etu o si gbasata nkọwa ụfọdụ metụtara ahụike, ebuterela ọtụtụ mmadụ ọnwụ erughi eru, ọnwụ mberede, nakwa ọtụtụ nsogbu ndị ọzọ gasị n’obodo dị iche iche ọ kacha n’ala Igbo. Ọtụtụ ndị nchọcha maara nke ekwe n’akụ n’ọmụmụ asụsụ Igbo dịka Nwadike (2002), Nwaozuzu (2017), Ohiri Aniche, (2015) Emenanjọ (1996), na Ejiofor (2014) edeela ọtụtụ akwụkwọ na-akọwa na asụsụ Igbo na-anwụ anwụ. Mana e nyomie ihe dị n’akpa oke gbasara asụsụ Igbo ime, a ga-ahụta na ọ naghị anwụ anwụ kama na ọ bụ nleghara anya ndị nwe ya bụ asụsụ na-eleghara ya (nke ndị dibịa ahụike so na ya) tinyekwara nleli nke ndị ọchịchị nye ya bụ asụsụ. Na Naịjirịa taa, a na-ahụta na a na-ejikarị ihe anyị nwetara n’aka ndị chịburu anyị (ndị ọcha Uroop) arụkarị ọrụ n’ọtụtụ ebe na ndụ ndị obodo anyị. Nke a ebutago ntufu ọtụtụ ihe ọkpụ ọdịnaala na ọmenaala anyị nke hiwere isi n’asụsụ epum, nke asụsụ Igbo so n’ime ya. Nwadike (2002) kọwara ihe o weere dịka uche a chịrị achịa:

> Ngwa agha kacha ndị ọcha chịburu Naịjirịa wetara ha bụ nke na-egbu omenala na ọdịnaala ha, na-ekpochapụkwa nkwenye n’aha ihe ha, asụsụ na gburugburu ha, na ihe ọkpụ ha gasị. Nke a na-eme ka ha na-ahụta ụbọchị ha gara aga dịka ala a tufuru atufu na-enweghi ihe ha nwetara na ya. Nke a mere ha ji achọ ka ha mata asụsụ ndị ọzọ karịa nke ha. Nhọrọ asụsụ na etu e si eji asụsụ arụ ọrụ bụ ihe na-egosi ka ndị mmadụ si were onwe ha n’ebe ụwa niile nọ.

Nwadike na-egosi ka nsogbu siri bata Afrika site n’ọchịchị sitere n’aka ndị Yurop. Nke a mere o ji kwuo na e kwukarịala okwu gbasara asụsụ Bekee; na ọ bụ ezie na asụsụ Bekee agbasaala ebe

niile, mana ọ bụ maka sọsọ ndị gụrụ akwụkwọ. Ịnabata asụsụ Bekee n'ọnọdụ asụsụ epum emela ka a gbado anya n'asụsụ Bekee ma wepu anya n'asụsụ epum gasị. Ya mere na ọtụtụ mgbe, ndị nchọcha anaghị etinye uchu n'itule asụsụ ọnụọgụ ndị na-asụ ya perempe/asụsụ epum (asụsụ maịnọritii) n'ime obodo nakwa n'obodo mepere emepe na Naịjirịa. N'aka nke ọzọ, a na-egosikwa na ndị dibịa ahụike ọgwụ Bekee enweghi ezi mmesonye n'ebe ikikere asụsụ ha na ọgwụ ha dị. Ọ bụ ihe doro anya na ọgwụ ahụike Igbo (ọgwụ mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ) nakwa nke Bekee na-agwọ ọrịa dị iche iche n'ụwa niile ọ kacha n'ala Igbo. E nweghi ezi mmesonye n'ebe asụsụ ọ bụla nọ na-abụ ọdachị nye asụsụ ahụ na ndị nwe ya ọ kacha n'ebe ihe gbasara ahụ ike dị. Ya mere ebe mgbado ụkwụ nchọcha a ji bụrụ ikikere asụsụ ndị dibịa ahụike n'ebe asụsụ Igbo na ọgwụ ha dị. Nchọcha a chọkwara igosipụta mmesonye ndị Igbo n'ebe asụsụ ha dị ọ kacha etu o si gbasata ogwu ahụike Igbo. A ga-agbaso ihe ọmụmụ a site na ngalaba anọ: (i) itule mmesonye na ikikere asụsu ndị dịbịa ahụike (ọgwụ Igbo) n'ebe asụsụ Igbo dị n'ihe gbasara ozi, ire, nakwa ikesa ọgwụ ha n'Igbo; (ii) ihe na-ebuta enweghị ezi mmesonye n'ebe asụsu Igbo dị (iv) ụzọ bụ ịgba ikwalite ezi mmesonye nakwa ntowanye ikikere asụsụ ndị dibịa ahụike n'Igbo.

**Ọnọdụ asụsụ na Naịjirịa oge ndị British na-achị**

Mgbe ndị British weghara ikikere ọchịchị na Naịjirịa, asụsụ English wee bụrụzie ngwa ihe e ji ahazi ọnọdụ ọchịchị na mpaghara ọhụrụ ahụ. O wee bụrụzie asụsụ English ka e ji ahazi ọnọdụ ọchịchị n'ebe dị iche iche (Bamgbose, 1991; Lawal, 2004) na Naịjirịa. Ọ bụ asụsụ e ji arụ ọru n'ọnọdụ izugbe na ndụ ndị e wegharagoro (Ogunmodimu, 2015).

Naịjirịa bụ obodo dị n'ọdịda anyanwụ mba Afrịka. Ọ bụ Steeti iri atọ na isii mejupụtara ya. E nwere asụsụ dị iche iche na Naịjirịa mana ọ bụ naanị atọ (Awụsa, Igbo na Yoruba) ka ndị ọchịchị etiti Naịjirịa nabatara dịka nke pụtakarịrị ihe iji na-akụzi ihe. N'obodo Naịjirịa, e nwere ọtụtụ asụsu na ọtụtụ agbụrụ nakwa ọtụtu asụsụ nsipu agbụrụ na ya. Ọnụọgụ asụsụ dị na Naịjirịa dịka ụfọdụ si kọwaa dị n'agbata narị atọ, iri iteghete na ise ruo na narịị ise na iri na atọ (395-513). Ịma atụ, Hansford (1976) kwuru narị atọ, iri

iteghete na ise (395); Ugwuona (2014) ekwuo na ọ karịrị narị anọ (400); Bamgbose (1992) kwesiri ike na ọ dị narị ise na iri na atọ (513) n'ọgụ. N'agbanyeghị ọnụọgụ a, asụsụ Bekee ka-abụrịrị asụsụ njiarụ ọrụ n'ebe dị elu nakwa n'ọtụtụ ebe ọzọ gasị n'ala Naịjirịa (Ugwuona, 2014). N'ihi nke a, ọtụtụ mmadụ na Naịjirịa nwere mmasị ma na-ejikarị asụsụ Bekee arụ ọrụ. A bịa n'agụmakwụkwọ, asụsụ Bekee abụrụla isi a hụru kwaba okpu bidoru n'oge ọchịchị ndị mba ọzọ (colonịal pirọd) rue n'oge ugbu a, ebe ọ bụ ya ka e ji akuzi ihe bido n'ọtakara ganye na mahadum. Nke a gosiri na ndị ọcha kwọtara asụsu Bekee n'azụ bịa na Naịjiri na senchụrị nke iri na iteghete. Asụsụ Bekee ka e ji akuzi ihe n'ogo niile n'ụloakwụkwọ ebe a na-akpachapụ asụsu ndi Naịjirịa n'akụkụ. Nke a mere na ọtụtụ mgbe, a na-eleda ihe ọ bụla onye na-asụ asụsụ epum ya meputara anya, ọ bụladị ọgwụ ahụike. Asụsụ Bekee nwere ogo dị elu na Naijirịa site na ngwa ndị gọọvment nakwa nkwado ndị Naịjirịa n'onwe ha na-akwado ya site n'ịhụta ya dịka akara, nakwa nkwado ndị Naịjirị na-esi obodo oyibo alọta na-akwodo asụsu Bekee iji wee gosi na ha so n'ihe a na-eme. N'ụzọ dị otu a, ọtụtụ mmadụ abụrụzie ohu nye asụsụ Bekee. Nke a mere na ọtụtu ndị mmadụ ọ kacha n'ọdịda-ọwụwa anyanwụ Naịjirịa na-asụzịrị ụmụaka ha asụsu Bekee n'ezinụlọ ha dịka asụsụ ire nne ha. Ogbona (2006) kwuru na ụdị ọnọdụ a ebutego anọkwataghị a na-ahụzị n'ebe ọtụtu mmadụ nakwa ndị nrịanrịa nọ.

### Asụsụ Igbo na Naịjirịa

Site na ndeputa Greenberg, ndị Igbo bụ ndị Benue Kongo nke ọhụụ (Ugwuọna, 2013). Ugwuona gakwara n' ihu kwuo na ndị Igbo so n' agbụrụ "Kwa", nke bụ nkewapụta asụsụ Naịja Kongo. Echiegu (1984) siri na ndị Igbo dịka agbụrụ nọọrọ onwe ya nwekwara omenaala na usoro obibi ndụ ha. Igbo bụ otu n'ime agbụrụ pụtara ihe na Naịjirịa nke dị na ndịda ọwụwa anyanwụ Naịjirịa. Ndị na-asụ ya n'ala Igbo (Ugwuona, 2014) dị ka ọtụtụ ndị chọcha si kọwa dị ihe dịka bido na nde mmadụụ iri abụọ na ise rue na nde mmadụ iri anọ na otu, ma ndị n'asụ ya n'akụkụ ụwa niile ga-eru ihe dịka narị nde mmadụ na iri ise. Nke ahụ na-egosi na nde otu nde na narị iri ise mmadụ na-asụ asụsụ Igbo n'ụwa niile. Igbo bụkwa otu n'ime asụsụ atọ gbara ọkpụrụkpụ na Naịjirịa. Asụsụ Igbo kacha nwee olundị.

Ọtụtụ mgbe, ha nwere otu echiche na-aghọtakwa onwe ha. Ọtụtụ nsogbu na-echere asụsụ Igbo bụ nke mmesonye na nsirihụ ndị nwe ya bụ asụsụ. Nke a so n'otu ihe na-echere ha aka mgba n'ebe ọtụtụ ihe dị. Nleda anya na ejighị asụsụ ha kpọrọ ihe n'ebe ụfọdu ihe ndị Igbo dị na-agba anya mmiri. N'ọnọdụ dị etu a ka Ụmọ na Okeke (2009) jiri kwuo na ndị Igbo bụ ndị asụsụ ha na-eme ihere. Ha gbahapụrụ asụsụ Igbo ma makụọ asụsụ na omenala ndị ọzọ. Ọtụtụ mgbe, ọ na-abụrụ ndị Igbo nnukwu ihe ahụhụ ịkpa nkata naanị n'asụsụ Igbo n'ewebataghị asụsụ Bekee n'ime ya. Madụka (2007) kwuru na ihe ndị Igbo jiri jụ asụsụ ara nne ha bụ mgbakwụnye ha n'usoro obibi ndị ọcha (British). N'igbakwunye na nke a, anyị kwesiri ịmata na onye kpọọ efere nri ya mkpọkọrọ, agbataobi ewere ya kpofuo ahịhịa, tinyere na onye kpatara nkụ ahụhụ rịọrọ ngwere ọrịrị. Otu ihe nwere ike ibute nke a bụ oke nkwanye ugwu na nsọpụrụ a na-akwanyere asụsụ Bekee na Naịjirịa. Ọtụtụ ndị Igbo kwenyere na ihe e ji ama onye mara emeputa ihe ọ bụla (tinyere ọgwụ ahụ ike) nakwa onye gụrụ akwụkwọ bụ ka onye ahụ si asụ asụsụ Bekee. Ọ bụ ihe ndị a niile mere nchọcha a ji gbado ụkwụ Mmesonye na ikikere asụsụ ndị dibịa ahụike n'Igbo.

## Ntụleghari̩ Agụmagụ

### Asụsụ

Asụsụ bụ ihe dị oke mkpa na ndụ mmadụ n'agbanyeghị ebe onye hụtara onwe ya. E nwere ike isi n' asụsụ chọpụta ebe mmadụ siri puru ma ọ bụ pụta. Lyons (1981), kọwara asụsụ dịka ndụ mmadụ, n'ihi na ọ bụ asụsụ bụ ụdọ ji ndụ obodo ọbụla. Ọ na-ekwu na asụsụ bụ usoro nhazi mmekọrịta ọhanaeze nke ihe mejupụtara ya bụ ụda, mkpụrụokwu na asụmasụ site n'otu obodo ruo n'ọzọ. Ugwuọna (2015), n' akwụkwọ nkuzi "Ntọala na isiokwu ụfọdụ na fọnọlọjị Igbo" kọwara asụsụ dịka ụzọ mmadụ na ibe ya si emekọrita ma na-ezirịta ibe ha ozi iji zipụta ihe ha bu n'obi. Ọ gara n' ihu kọwawamie na asụsụ bụ otu nhụbaama e jiri mara onye na obodo onye si na ya pụta. O kwukwara na ihe dị iche n' ebe onye Igbo, Yoruba, maọbụ Awụsa nọ bụ asụsụ.  N' ịgbado ụkwụ na nkọwa Ugwuọna (2015), a hụtara na obodo maọbụ agbụrụ ọbụla anaghị asụ asụsụ ọnatarachi ya, enweghị ntọala ma ndị obodo dị etu a bụ ndị mbịaraabịa nye obodo ha. Crystal (1995) kwenyere na asụsụ bụ ụdaolu mmadụ a hazịrị ahazị nke o ji akọwapụta ebumnoobi ya, nke nwere ike ịdị n'

ụdị ekwurunọọnụ maọbụ ederede. Anagbọgụ, Mbah na Eme (2010), kọwara na asụsụ bụ ụkpụrụ mmadụ kpụpụtara maka mmekọrịta mmadụ na ibe ya nke e ji egosipụta atụmatụ aro mmadụ, mmetụta mmadụ nwere na ọchịchọ obi mmadụ nke e ji njiakpọ okwu kwuputa n' ọnụ maọbụ tinye ụbụrụ n'ọrụ detuo ya n' akwụkwọ.

Nkọwa a dị n'elu gosiri na asụsụ bụ okwu e kwuru n'ọnụ maọbụ dee n' akwụkwọ nke ndị mmadụ nọ n' otu òtù kwekọrịtara ka ọ bụrụ oluasụsụ jikọtara ha ọnụ, ha ga-eji na-agbasakọrịta ozi ma na-ezipụta omenaala ha. Site na nkọwa a, akwụkwọ nkọwami Brịtenịa a nyere, anyị ga-achọpụta na asụsụ nwere ike ịdị n' ụdị ederede maọbụ n' ụdị ekwurunọọnụ. Ọ dịghị ihe ọ bụla mmadụ na-eme nke asụsụ abụghị isi sekpụ ya. E wepụ asụsụ n'etiti mmadụ, mmadụ ga-anọ dịka anụmanụ a gbahapụrụ n'etiti agụ́ nke enweghị onye ma ọ bụ ihe ya na ya na-enwe mmekọrịta. Asụsụ metụtara ihe niile gbasara mmadụ tinyere mmeputa, nkọwa, nakwa nkesa ọgwụ nke gunyere ọgwụ ọdịnaala (nke si na mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ, nakwa isi anụmanụ). Ọ dịkwa mkpa ịkọwa na ndị dịbịa mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ na-agwa ọgwụ ha okwu gbasara ọya ha chọrọ ka ọgwụ ha meputara gwọba n'ahụ mmadụ. Asụsụ bụ ụzọ mmadụ si akọwapụta mbumnuche, etu o si dịri ya, nchọ, dg site n'okwu, edide ma ọ bụ akara (Agbedo, 2007). Asụsụ abụghị naanị na o so n'omenaala kama na ọ bụ ihe kara aka dị n'omenaala. Ndị ọ bụla na-achọ ka ha banye ma mata omenanị ọ bụla, ga-ebụ ụzọ maratagodụ asụsụ ya makana asụsụ n'onwe ya no na ngalaba omenaala. Nke a na-egosi na ọgwụgwọ ọrịa na ahụ ike agaghị adịcha nke ọma ma ọ bụru n'obodo ma asụsụ e ji eme ya adịghị otu kwesịrị. Dịka asụsụ si bụrụ isi sekpu ntị na ndu mmadụ nakwa n'omenala, ma bụrụkwa njirimara mmadụ, ihe gbasara asụsu dị oke mkpa n'ebe obodo nwe asusụ dị.  Nleda asụsụ anya na-ebute itufu omenala na njirimara ọdinala ahụ. Oge ụfọdụ, ihe na-ebute nke a bụ n'ọnọdụ mkpagbu, mkpachapụ, na nkewa. Asụsụ niile ma ndị a na-ahụta dịka nke kacha (dọmịnaant), ma ndi a na-eleghara anya (maịnọritii) na-aba oke uru. Ọ bụ ihe mwute na ọtụtụ mgbe, a na-eleghara asụsụ epum ndị bi n'ime obodo anya ọ kacha nke ndị dibịa mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ. Ọ dịka ndị ọchịchị nakwa ndị na-ahazi asụsụ n'obodo na-eleghara asụsụ epum nakwa gburugburu ndị ọgwụ Igbo anya ọ kacha n'ala Igbo dị na Naịjirịa. na mkpokota, e nwere ike ịsị na asụsụ bụ ihe zuru ụwa niile ọnụ ma bụrụkwa otu

n’ime njirimara mmadụ. Nke a bụ ihe doro anya maka na ọ bụ naanị mmadụ nwere ike iji asụsụ wee mee ọtụtụ ihe dị iche iche. Mmadụ nwere ike iji asụsụ kparịta nkata, zipụta echiche, zirita ozi, gosipụta nka ma nyefekwa omenala. Nke a mere ka mmadụ dịwaga iche n’ebe anụmanụ ndị ọzọ na-enweghị ike ịsụ asụsụ ka mmadụ dị. Ihe nrịta a pụrụ iche mere ka mmadụ na-eji ụda na ọdịmara na-egosi ọnọdụ mmetụta obi na ọchịchọ ya. Ọ bụ ya kpatara na mgbe ọ bụla ndị nwe asụsụ enweghi ezi mmesonye na asụsụ ha, ọ na-ewute nke ukwu maka na ndị dị otu a ga-atufu mjiri mara ha ma ọ bụrụ na onweghi ihe ha mere iji gbochi ọnọdụ ahụ.

**Ikikere asụsụ**

Asụsụ mba ụwa dị iche iche so ụzọ ọnwụ. Pupavac (2000) kọwara na asụaụ a na-ele anya na ha ga-ekpochapụ na narị afọ na-abịa dị pasenti iri iteghete. Nke a gosiri na asụsụ bụ ikikere kacha mkpa ndị na-asụ asụsụ ọnụọgụ ndị na-asụ ya pere mpe (asụsụ maịnọriti) ga-enwe. Pupavac kọwakwaara na asụsụ so n’otu ihe kacha mkpa e ji eziputa omenaala. Mgbochị esemokwu na nghọtahie na-adị n’etiti obodo na ibe ya, na ikwado ikikere asụrụ na-agakọta ọnụ. Vollebaek (2008) na-ekwu na ndị tufuru ikikere asụsụ na njirimara omenaala ha nwere ike itufu ihe dị mkpa a na-akụzi banyere ikwanyere ọdịdịchi (nechọ) na ị ghọta gburugburu na usoro ya ugwu. Ikikere asụsụ dịka Eụtra na Yağmur (2004) si kọwaa, bụ ikikere nabatara mmadụ ịhọrọ asụsụ ọbụla masịrị ya maka mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Ha gara n' ihu kọwaa na nhọrọ asụsụ dịka ncheanwụ nye ọsụ asụsụ bụ inwere onwe ya, kwuo okwu n'asụsụ ọbụla masịrị ya n' onwe ya maọbụ n' ọha. Ikikere asụsụ so n'otu n' ime iwu ọchịchị onye kwuo uche ya e wepụtara, nke na-eme ka mmadụ nwe ọnụ okwu maọbụ ka ọnụ ruo okwuu n'ihe obodo na-ekwu maka ya, na-akpachapụghị onye nsoeme n' ihi amaghị asụsụ ndị mba ọzọ nke ha na-asụ. Coulmas (2000) gụpụtaara anyị ikikere asụsụ ndị anyị nwere dịka ikikere mmadụ ịsụ asụsụ obodo ya, ya bụ, olundị maọbụ olumba/izugbe, ọchịchị na ụzọ iwu asụsụ mba nabatara, iji olundị gụọ akwụkwọ n'ụlọakwụkwọ ọbụla masịrị gị, iji asụsụ gị gbasaa ozi n' igwe onyonyo (televishọnụ), igwe na-ekwu okwu (rediyo), tinyekwara ngalaba ndụ ndị ọzọ. Òtù na-ahụ maka ikikere asụsụ a kpọrọ "Intaneshọnaal Kọvanaantị nke Civụụl na Pọlitikal Raịt nke ọgbakọ nke UN nabatara n' afọ 1992, kwadoro

ikikere asụsụ nye onye ọbụla. Dịka iwu nke usoro nke 27 (aatikl 27) si kwuo, na asụsụ na-anwụ anwụ bụ nke e nwere ike ikpọlite site n'ịsụ asụsụ epum ya. Mana a bịazịrị na-akpa oke asụsụ n' ihi asụsụ ndị mbịarachịwa (asụsụ ndị Briteen) dọọrọ anyị n'agha gbadoro anyị ka anyị na-asụ. Ihe ndị a niile a kọwara na-egosi na ikikere asụsụ Igbo bụ ikikere nwaafọ Igbo ọbụla nwere ịsụ asụsụ Igbo n'ebe ọbụla ọ hụrụ onwe ya, maka na ọ bụ site n'asụsụ ya ka ndị mba ọzọ ga-esi mata na ọsụ asụsụ ahụ bụ onye Igbo. Ya bụ ikike asụsụ na-eme ka ọsụụ nwee okwukwe n'ime onwe ya na ọ dịghị asụsụ ka ibe ya mma, ọ na- enye asụsụ ya ugwu kwesiri ya site n'ịsụ ya na-enweghị ụjọ maka ndị nọ n'ọkwa ọchịchị karịa ya. Ọ bụ ikikere nwaafọ Igbo ọbụla nwere iji asụsụ ya gosipụta maọbụ kọwapụta ka ọnọdụ siri dịrị ya n'obodo na-enweghị onye na-amanye ya aka n' ọnụ.

Hyden na Mishler (1999), kọwara na ikikere asụsụ dibịa ahụike nwere ga-emetụtanwu ọnọdụ onye ọrịa nọ n'akwa ọrịa. N' aka nke ọzọ, asụsụ onye nọ n' ọrịa nwekwara ike ime ka dibịa ahụike nọrọ n'ọnọdụ gbagharịa. Na nchọcha, ndị dibịa ahụike asaa mere, ha chọpụtara na onye dibịa Bekee ịdị na-asụ asụsụ ndị ọzọ onye ọrịa ga-aghọta ma e wezuga asụsụ Bekee ka mma karịa ịsụ asụsụ ga-egbochi onye ọrịa ikwupụtacha nsogbu ahụike nke o nwere. Nke a nwere ike mee ka onye dibịa ahụ nyegbu onye nrịanrịa ji n'ọgwụ n'ihi mgbochi dị n'asụsụ mmekọrịta ha. Dibịa ahụike kwesịrị ịnabata onye ọrịa mgbe o ji asụsụ epum ya akọwara ya ka o si arịa ya. Ihe kpatara nke a bụ na nwaafọ Igbo ahụ nwere nchekwa nọ n'iwu kwuru na onye Igbo ọ bụla nwere ikikere ịsụ asụsụ Igbo na ngalaba ọbụla ọ hụrụ onwe ya. Òtù na-ahụ maka ahụike mba ụwa a kpọrọ "WHO" kọwara na dịka e siri nwee dibịa Bekee ka e siri nwee dibịa ọdịnaala, mana nchọpụta ha mere na nso nso a gosiri na ọgwụ Igbo ndị a maara aha ha ka arụ ọrụ agwọmọọrịa karịa nke ndị dibịa Bekee. Mana anyị ga-enyocha mmesonye asụsụ Igbo ndị dibịa ahụike (Igbo) ọdịnala nakwa nke Bekee n’ebe asụsụ Igbo na ọgwụ ha dị.

UN kọwakwara ikikere asụsu dịka ụzọ ndị ọchịchị obodo si anabata ma ọ bụ akwado asụsu nsipu/olundị nke ụmụ afọ obodo. Dika UN sikwa kọwaa, a na-enwetakwa ikikere asụsụ n’ime ikikere dị iche iche na nwemonwe gasị, dịka mgbochi mkpamoke, ikikere nkọwapụta, ikikere ndụ nke onwe, ikikere agụm akwụkwọ, na ikikere asụsụ ndị ọnụọgụ na-asụ ya pere mpe (olụndị ma ọ bụ asụsụ epum) ịsụ asụsụ ha ebe ndị ọzọ nọ. UN kwekọrịtara ma detukwa ya

edetu na ndị sị na agbụrụ asụsụ ọnụọgụ ndị na-asụ yap ere mpe (asụsụ maịnọriti) nwere ikikere ịdị na-asụ asụsụ ha ọ bụladị mgbe ha na ndị ọzọ nọ. Mgbe UN na-akpa ụbụbọ banyere ahụ ike na ikikere asụsụ, ha kọwara na ọ bụrụ na ndị isi ọchịchị abịa n'ebe ha ga-asụnwụ asụsụ epum ndị ebe ahụ, ma hụtakwa na o nweghị ihe dị oke mkpa ga-egbochi ha ịsụ asụsụ epum ahụ, ọ ga-abụ ihe ịkpa oke dịka iwu mba etiti (intaneshọnal lọọ) si dị ma ọ bụrụ na ha ahapụ ịsụ asụsụ epum (maịnọriti) ahụ ma họrọ ịsụ asụsụ izugbe n'ihe gbasara ọchịchị na ihe ndị ọzọ gbasara ọhanaeze ahụ. Ha gara n'ihu kwuo na ebe nkụ dị na mba na-eghere mba nri, o kwesiri ka a na-eji ihe obodo nwere emeputa ihe nke ọma- n'ụzọ ahụike, ije ozi ọha, mgbasa ozi, dgz. Ishida et al (2012) kọwakwara na ịsụ naanị asụsụ ọnụọgụ ndị na-asụ ya dị nnukwụ (asụsụ dọminantị) nwere ike ịbụ oke ihe ọgbatauhie n'ichekwa ndụ ndị bi n'ime ime obodo ọ kacha ụmụnwanyị. N'aka nke ọzọ, ihe dị etu a na-emetutakwa ọnọdụ ahụike.

**Usoro Nchọcha**

E jiri usoro sọvee mee nchọcha a. Nworgu (2006) kọwara sọvee dịka usoro nchọcha e ji amata echiche, omume, mbunuche, nkwenye na nhụrụụwa ndị mmadụ nke e si na ya ewepụta mbunuche nchọcha. Nchọcha sọvee bụ nke a na-eji ụfọdụ mmadụ a họpụtara n'otu ebe ma ọ bụ otu obodo ka ha nọchite anya ndịọzọ.

Ebe onye nchọcha gbadoro ụkwụ bụ na gburugburu Nsụka, Ọnịcha na Enugu. Nsụka dị na mpaghara Steet Enugu. Nsụka nwere agbataobi ndị a: n'ọwụwa anyanwụ ya bụ ndịda Eha-Amufu, ọdịda anyanwụ ya bụ Steeti Kogi, mgbago ugwu ya bụ Steeti Benue, ndịda ya bụ Udi dị na Steeti Anambra. Ihe e ji mara ndị Nsụka bụ ịzụ ahịa, ịgụ akwụkwọ nakwa dịbịa mgbọrọgwụ na mkpakwụkwọ (ọ kacha na mpaghara Enugu-Ezike na Edeọbara). Ime obodo e si họpụta ndị zara ajụjụ bụ Enugu-Ezike, Ede-Ọbara, Edem, Obollo, Ọba, Ukehe, na Iheaka Nsụka. Mmadụ ise ka a họpụtachara site n'obodo ọ bụla, nke mere ndị a họpụtara n'ebe ndị ahụ ji bụrụ mmadu iri atọ na ise (35). A họpụtakwara ndị dịbịa Igbo abụọ abụọ n'ime obodo ndị ahụ a kpọrọ, tinyere ndị dịbịa ahụike abụọ na-ebugharị ọgwụ Igbo agaghaṛị agagaṛị n'ala Igbo niile; ha dịzị madụ iri na isii (16). A họpụtakwara ndị dibịa ahụike atọ atọ site n'ebe mepere emepe ndị a: Nsụka ọban, Onitsha, na Enugu; ha dị iteghete (9) n'ọnụọgụ. Nke a mere ọnụọgụ ndị zara ajụjụ jizi dịrị iri isii (60). Ngwa nchọcha e ji

mee nchọcha a bụ njụmaza, nke isiokwu ya bụ Njumaza Nkwalite Ọmụmụ Asụsụ Igbo (NNOAI). Njụmaza a bụ nke onye nchọcha ji aka ya mepụta. O bụkwa ndị ọkammụta nọ na nnukwu ngalaba lingwistiks, Igbo na asụsụ Naịjiriạ ndị ọzọ na Mahadum Naịjiriạ, Nsụka tulere ya. NNOAI bụ ajụjụ dị iri abụọ na ise nke ndị mmadụ zara mebere ya. E ji miin na ndịpụ n'izugbe (Standard Deviation) wee hazie ma tụchaa data e nwetara na nchọcha a. Akara miin bidoro na 2.50 gbagowe ka a nabatara dịka ọsịsa dabara adaba, ebe akara miin pekarịrị 2.50 bụ ndị a nabataghị na nchọcha a.

**Ngosi na ntụcha data**

Na nkeji a, anyị ga-egosi ma tụcha ngwa chọcha e nwetara maka nchọcha a

**Nchọpụta ajụjụ nchọcha nke mbụ**

Tebul nke mbụ: Kedu asụsụ ndị na-arụpụta ọgwụ Igbo na-ejikarị edeputaa nakwa akọwapụta maka ọgwụ ha?

| ng | ajụjụ | $\bar{X}$ | SD | akọwa |
|---|---|---|---|---|
| I | Ndị na-arụpụta ọgwụ Igbo na-eji asụsụ Igbo edeputa nkọwa banyere ọgwụ ha. | 1.96 | 1.05 | anabataghị |
| Ii | Ndị dibịa ahụike anaghị amafenye n'asụsụ Bekee ma ha na-eme nkọwa banyere ọgwụ ha. | 2.14 | 1.12 | anabataghị |
| Iii | ọ bụ asụsu Bekee ka ndị na-arụpụta ọgwụ Igbo na-eji edeputa nkọwa banyere ọgwụ ha | 3.29 | 0.79 | Anabata |
| Iv | ndị dibịa ahụike na-amafenye n'asụsụ Igbo na nke Bekee ma ha na-eme nke a. | 3.29 | 0.79 | Anabata |
| v | Aha ha na-enyekarị ọgwụ ha bụ n'asụsụ Bekee | 3.05 | 1.10 | Nnabata |

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| | Nchịkọta | 2.75 | 1.2 | Nnabata |

Tebul nke mbụ gosiri ọsịsa miin na standad divieshọn asụsụ ndị na-arụpụta ọgwụ Igbo na-ejikarị edeputaa nakwa akọwapụta maka ọgwụ ha. Site na tebul a, ndị zara ajụjụ anabataghị ajụjụ nke mbụ na nke abụọ (i, ii) nwere akara miin 1.96, na 2.14. Ebe ndị sara ajụjụ nabatara ndịna ajụjụ nke atọ, anọ na ise (iii, iv, v). Ajụjụ ndị a nwere akara miin 3.29, 3.29, na 3.05. Na chịkọta, akara miin 3.29, 3.29, na 3.05 gosiri na asụsụ ndị na-arụpụta ọgwụ Igbo na-ejikarị edeputaa nakwa akọwapụta maka ọgwụ ha bụ asụsụ Bekee karịtịa asụsụ Igbo. Nke a gosiri na ndị na-arụpụta ọgwụ Igbo ka enwe ezi mmesonye nye asụsụ Bekee karịa nke Igbo.

**Nchọpụta ajụjụ nchọcha nke abụọ**
Kedu asụsụ ndị na-azụrụ ọgwụ na-achọkarị ka e jiri kọwapụta ihe gbasara ọgwụ ha chọrọ ịzụrụ?

**Tebul 2**: Ọsịsa Miin na Standad Divieshọn asụsụ ndị na-azụrụ ọgwụ na-achọkarị ka e jiri kọwapụta ihe gbasara ọgwụ ha chọrọ ịzụrụ.

| **Ngụ** | **Ajụjụ** | $\bar{X}$ | **SD** | **Nkọwa** |
|---|---|---|---|---|
| i. | I ji asụsụ Igbo na-ere ma na-ekesakwa ọgwụ Igbo ka mma | 3.67 | 0.78 | E kwenyere |
| ii. | Asụsụ Igbo ka mma ikọwa ihe ghasara ọgwụ Igbo karịa nke Bekee | 2.38 | 0.67 | E kwenyeghi |
| iii. | Asụsụ Bekee ka akọwami ka e si aṅụ ọgwụ Igbo karịa nke Igbo. | 3.38 | 0.61 | E kwnyere |
| iv. | Asụsụ Igbo na-esi ike n'ighọta. | 3.44 | 0.52 | E kwenyere |
| | | | | |
| v. | Asụsụ Igbo anaghị | 3.60 | 0.65 | E |

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| | egosi nke ọma etu e si rụpụta ma na-aṅụkwa ọgwụ Igbo. | | | kwenyere |

Tebul nke abụọ (dị n'elu) gosiri ọsịsa miin na standard divieshọn asụsụ ndị na-azụrụ ọgwụ na-achọkarị ka e jiri kọwapụta ihe gbasara ọgwụ ha chọrọ ịzụrụ. Site na tebul a, ndị zara ajụjụ kwenyere n'ajụjụ nke mbụ, atọ, anọ, na ise (i, iii, iv, v) nwere akara miin 3.67, 3.38, 3.44, 3.60; ebe ndị zara ajụjụ ekwenyeghị n'ajụjụ nke abụọ (ii) nwere akara miin 2.38. Na nchịkọta, ọsịsa ajụjụ nke (i, iii, iv, v) nwere akara miin 3.67, 3.38, 3.44, 3.60 gosiri na asụsụ ndị na-azụrụ ọgwụ na-achọkarị ka e jiri kọwapụta ihe gbasara ọgwụ ha chọrọ ịzụrụ bụ asụsụ Bekee. Nke a gosikwara na ndị na-azụrụ ọgwụ Igbo ka nwe ezi mmesonye nye asụaụ Bekee karịa asụsụ Igbo.

**Nchọpụta Ajụjụ Nchọcha nke atọ**

Kedu mere na ndị dịbịa ahụike nakwa ndị na-azụrụ ọgwụ ha enweghị ezi mmesonye nye asụsu Igbo?

**Tebul 3**: Ọsịsa Miin na Standad Divieshọn ihe mere na ndị dịbịa ahụike nakwa ndị na-azụrụ ọgwụ ha enweghị ezi mmesonye nye asụsu Igbo.

| **ngụ** | **Ajụjụ** n'ebe | $\bar{X}$ | **SD** | **Nkọwa** |
|---|---|---|---|---|
| i. | Asụsụ Bekee na - aka akọwami ka e si aṅụ ọgwụ Igbo | 3.05 | 1.10 | Nnabata |
| ii. | Ozi gbasara ọgwụ Igbo ka mma ka a na-agwakọta asụsu Igbo na nke Bekee. | 3.55 | 0.68 | Nnabata |
| iii. | Anaghị aghọtacha aha ndị DMA na-akpọ ọgwụ ha. | 3.27 | 0.86 | Nnabata |
| iv. | Nkọwa ha gbasara ókè na ugboro ole e ji aṅụ ọgwụ ha edocheghi anya n'asụsụ Igbo. | 3.52 | 0.65 | Nnabata |
| v. | Ọtụtụ ndị Igbo enweghi mmasị n'igere nkọwa n'asụsụ Igbo, kama na nke Bekee. | 3.35 | 0.76 | Nnabata |

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| vi. | Aha ha na-akpọ ọgwụ ha anaghị atọ ụtọ na ntị. | 3.35 | 0.76 | Nnabata |
| vii. | Ndị ọchịchị na ndi ọkaiwu na-ahụ maka nhazi asụsụ na Naịjirịa na-eleda asụsụ Igbo nakwa ikikere ya anya. | 3.05 | 1.10 | Nnabata |
| | **Nchịkọta** | **3.31** | **0.84** | Nnabata |

Na tebul ake atọ, dị n’elu, ndị zara ajụjụ nabatara ndịna ajụjụ nke mbụ rue na nke asaa. Ajụjụ ndị a nwere akara miin 3.05, 3.55, 3.27, 3.52, 3.35, 3.35, 3.05, n’otu n’otu. Na nchịkọta, akara miin 3.31 gosiri na ihe mere na ndị dịbịa ahụike nakwa ndị na-azụrụ ọgwụ ha enweghị ezi mmesonye nye asụsu Igbo dị ọtụtụ. Ndị zara ajụjụ kwenyere na asụsụ Igbo adịghị akọwa nakwa izisa ozi gbasara ọgwụ mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ nke ọma. Ha kwenyere na asụsụ Bekee ka mma n’ime nkea karị n’asụsụ Igbo. Nchọpụta a gosikwara na ndị Igbo na-eleda asụsụ ha anya. Ha nwekwara ezi mmesonye n’asụsụ ndị ọzọ (Bekee) karịa asụsụ ha. Nke a dabara n’ihe Ugwuona (2017) kwuru n’ebe asụsụ Bekee dị. O kwuru na asụsụ Bekee ewerela ọnọdụ kachasị elu na Naịjirịa ma nọrọ n’elu ya nwee ezi ugwu na mbuli elu n’ebe nakwa ọnọdu dị iche iche. Nke a na-atuzikwa aka na ndị ọchịchị na Naịjirịa na-eleghara ikikere asụsụ ndị Igbo anya, nke mere na ndị Igbo sokwa na-atufuzi ikikere asụsụ ha ebe ha ejizighi asụsụ ha akpa ngaga.

**Nchọpụta ajụjụ nchọcha nke anọ**

Kedu ụzọ a ga-esi kwalite ezi mmesonye na ikikere asụsụ ndị DMI n’asụsụ Igbo?

**Tebul 4**: Ọsịsa Miin na Standad Divieshọn ụzọ a ga-esi kwalite ezi mmesonye na ikikere asụsụ ndị dibịa mgbọrọgwụ na mkpakwụkwọ ọgwu Igbo n’asụsụ Igbo (N =94).

| **ngụ** | **Ndina** | $\bar{X}$ | **SD** | **Nkọwa** |
|---|---|---|---|---|
| i. | Ndị ọchịchị kwesiri ịsụ asụsụ epum ndị dịbịa | 2.93 | 1.10 | Nnabata |

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| | mgbọrọgwụ na mkpakwụkwọ mgbe na ebe ọ bụla ha nwere ohere ime nke a. | | | |
| ii. | Ndị gọvmenti ga na-akwadọ asụsụ epum site N'iji ya na-arụ ọrụ n'ụlọ mgbasa ọzị dịka ụlọ , redio, ụlọ akụkọ, televishọn, na vidio | 3.52 | 0.32 | Nnabata |
| iii. | Ndị ọchịchị ime ka amata maka asụsụ dị iche iche a na-asụgasị n'obodo, nke ga-eme ka a na-akwanyere asụsụ ọ bụla ugwu. | 3.04 | 0.21 | Nnabata |
| iv. | Nkọwa ha gbasara ό k̀ e na ugboro ole e ji aṅụ ọgwụ ha edocheghi anya n'asụsụ Igbo. | 3.52 | 0.65 | Nnabata |
| v. | Ebe e deturu ntụgharị banyere ọgwụ ahụ ike | 2.86 | 1.12 | Nnabata |
| vi. | Inweta ọwa mgbasa ozi maka ọgwụ ime obodo | 3.54 | 0.17 | Nnabata |
| vii. | Ikwado vido na-egosicha ihe gbasara asụsụ ndị dibịa ahụ ike ime obodo nakwa ọgwụ ha | 3.42 | 1.87 | Nnabata |
| | **Nchịkọta** | **3.3** | **1.17** | **nnabata** |

Tebul nke anọ gosiri ọsịsa miin na standad divieshọn ụzọ ka mma a ga-esi kwalite asụsụ epum ndị dibịa mgbọrọgwụ na mkpakwụkwọ n'ala Igbo. Site na tebul a, ndị zara ajụjụ kwenyere na ndịna ajụjụ niile dị na tebl ahụ (i-vii). Nke a gosiri na ndị gọvmenti, ndị ọkaiwu n'ihe gbasara asụsu, ndị ọchịchị nakwa ndị nwe asụsụ

maịnọriti kwesiri ikwado asụsụ maịnọriti/asụsụ epum ndị Igbo ka e jiri ya na-agbasa ọzi maka ọgwụ ahụike nakwa ka ọ na-etowanye.

**Site n'ajụjụ ọnụ anyị gbara, a chọpụtakwara:**

Ndị Igbo kwenyekwara na ọgwụ e ji asụsụ Igbo akọwa abụchaghị ezigbo ọgwụ, nke agaghịkwa aru ọrụ nke ọma. Ọzọ kwa, onye na-eji asụsụ Igbo akọwa ọgwụ ya mgbe ọ bụla na ebe niile anaghị enwe ego, nke o ji abụ nnukwu mmadụ. Nkwenye ha bụkwa na onye na-eme nke a na-ewetu onwe ya ala tinyere na o nweghị ugwu na nsọpụrụ. Asụsụ Igbo anaghị akpọtara DMI ọtụtụ ndị na-azụru ọgwụ. Ọtụtụ ndị DMI enweghi ike iji asụsụ Igbo kọwaa ọgwụ ha na-gwọkọtaghị ya asụsụ Bekee, nke kpatara ha jiri kwenye na asụsụ Bekee na-aka aga were were n'ọnụ iji kpọtara ndị mmadụ maka ọgwụ ha. Onye Igbo na - achọkarị ịkọwa onwe ya n'asụsụ Bekee. ọ na - akara onye Igbo mfe ịkọwa onwe ya n'asụsụ Bekee karịa ịsụ Igbo. Ọ bụrụgodu na ọ ga - ekwu ya n'Igbo, ọ ga na - agbakọnye n'ime ya asụsụ Bekee, ọ sụrụ Igbo, ọ sụrụ Bekee. Ọ na - abụ nnukwu nsogbu nye onye Igbo ịkpa nkata naanị n'asụsụ Igbo n'ewebataghị asụsụ Bekee n'ime ya.

**Ụbụbọm, Mmechi na Ntụnye Aro**

Mmesonye na akparamagwa ndị dịbịa ahụike (dibịa mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwo) Igbo, ndị Igbo, nakwa ndị ọchịchị n'ebe asụsụ Igbo dị na-adọghachị aka elekere azụ n'ihe gbasara ahụike, ọgwụ ahụike nakwa nkwalite asụsụ Igbo dịka anyị siri gosiputa. Mmesonye na ikikere asụsụ ndị dibịa ahụike n'ebe asụsụ Igbo na ọgwụ ha dị na-emetụta ọnọdụ ahụike n'Igbo na, adịmire n'izụrụ na ịṅụ ọgwụ Igbo nke na-emetutekwa ọnọdụ ahụike ha. Nleda anya na ka ndị Igbo siri emesonye asụsụ Igbo na-emetụta ya bụ asụsụ. Omume na nsirihụ ndị nwe asụsụ na-egosipụta ahụ ike ndị nwe asụsụ nakwa asụsụ ahụ nwere. Ọ bụrụ na ndị nwe asụsụ ana-anapụ asụsụ ahụ ugwu ruru ya, asụsụ ahụ ebutela ọrịa a naghị agwọ agwọ nke ga-ebutere ya ọnwụ erughi eru ma ọ bụru na onweghi ihe e mere iji gbochie ya..

Anyị na-atunye alo ka ndị Igbo niile bido na nwata rue n'okenye na-ahụ asụsụ Igbo n'anya ma nabatakwa ya dịka asụsụ ha ga na-asụ n'ebe ọ bụla. Ndị DMA na-agbasa ozi maka ọgwụ ha, ga

na-eji asụsụ epum ha na-eme nke a. N’aka nke ọzọ, ndị gọvmenti na ndị ọchịchị ga agbasa ozi maka asụsụ ndị ọzọ dịka asụsu Bekee nakwa asụsụ Igbo izugbe. Nke a ga-enye aka ka ndị dibịa DMA nwee ike itụgharị ma sụbakwa nke ọ bụla ma ọ dabatara ha ime nke a. Oge ọ bụla ndị Igbo abụọ ma ọ bụ karịa nọ, ha were asụsụ Igbo na-akpakọrịta nkata. Ndị Igbo kwesiri iji asụsụ Igbo na-akọwa maka ọrịa na-arịa ha. Mgbe ọ bụla ndị Igbo nọ nzukọ, ha jiri asụsụ Igbo na-ekwu ihe niile ha chọrọ ikwu tinyekwara ịkpọpụta aha ọgwụ mgbọrọgwụ na mkpakwụkwọ n’ụzọ ọ ga-edo anya nke ọma, ma ọ bụrụ na ọ dị mkpa. Asụsụ Igbo kwesikwara ka a na-akwanyere ya ugwu na nsọpụrụ dịka o si dị n’asụsụ Bekee. A ga-eme nke a site n’ime ya ọ bụrụ otu ihe a tụrụ anya na nwata ọ bụla ga-eji na-abanye na mahadum ọ bụla dị n’ala Igbo. N’ụzọ dị otu a, a ga-akwalite ahụike nakwa asụsụ Igbo. Anyị na-ekwusi ike na ndị gọvmeenti na ndị ọka iwu n’ihe gbasara nhazi asụsụ na Naịjirịa ga na-akwado asụmigwe ma nyekwa asụsụ Igbo ogo dị elu. Nke a ga-nye asụsụ Igbo ogo dị elu tinyere ikwado ikikere asụsụ ndị dịbịa mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ n’iji asụsụ Igbo ekwusa maka ọgwụ ha nebe nakwa gburugburu dị iche iche n’ala Igbo dị na Naijirịa.

**Edesinbịa**

Agbaedo, C.U. (2007). *Problem of multilingual nations: The Nigerian perspective*. Enugu: Fidgina Global Books.

Anagbọgụ, P. N., Mbah, B. M. & Eme, C. A. (2010). *Introduction to linguistics.* Awka: Amaka Dreams Ltd.

Bamgbose, A. (1992). *Language and the Nation: The language ọuestion in Sub-Saharan Africa*. Edinburgh: Edinburgh University Press.

Coulmas, F .(2000). The handbook of sociolinguistics. Oụford: B lackwel I Publishers.

Crystal, D. (1995). *The Cambridge encyclopedia of language.* Cambridge: Cambridge University Press.

Echiegu, A.O.U. (1984). *Translating the collects of the solemnities of the LORD in the language of the Africans; Vol. III sacred Igbo and its rhetorics.* ROME.

Ejiofor, P. (2014). Asụsụ Igbo n'onyonyo Nọlịwud: Aha mba efuo. Jọnal Amụmụmụ Igbo, (7) 1-8.

Emenanjo, E. N. (1996). Olumefula: Asusu Igbo na Ndụ Ndị Igbo: Odenigbo Lecture Series. Owerri: Assumpta Press

Eụtra, G., and Yağmur, K. (2004). "*Language rights perspectives*". In Eụtra, G. and Yağmur, K. (Eds.), *Urban Multilingualism in Europe: Immigrant Minority Languages at Home and School, 73–92):* Multilingual Matters Ltd.

Hansford, K (1976). *An indeụ of Nigerian Languages*. Accra: Accessed 23 June 2018.

Hydén, L., & Mishler, E. (1999). language and medicine. *Annual Review of Applied Linguistics*, 19 , 174-192. doi:10.1017/ S0267190599190093 *International Journal of Humanities and Social Science, (*5*)* 9.

Ishida K, Stupp P, TurciosRuiz R, William DB, Espinoza E. (20123), Ethnic ineọuality in Guatemalan women's use of modern reproductive health care',*International Perspectives on Seụual and Reproductive Health*, (2) 8, 99–108.

Lawal, R. A. (2004). Meaning without Mean-ness. The Seventy-fourth Inaugural Lecture. Ilorin: Library and Publication Committee, University of Ilorin: Lgrave Macmillan.

Lyons, J (1981). Language and linguistics. Cambridge: Cambridge University Press.

Madụka C. T. (2007). The Igbo in world culture: Goodbye to identity. *Journal of Igbo studies.* (2), 14 -20.

Nwadike, I. U. (2002). *Igbo language in education: An historical study*. Uruowulu-Obasi: Pacific Publishers.

Nwaozuzi, G I. (2017). Dialects of the Igbo language. UNN: University of Nigeria Press.

Nworgu, B. G. (2006). *Educational research basic issues and methodology*. Ibadan: Wisdom Publisher Ltd.

Ogbona, S. O. (2006) ‘Language, Literacy and Learning in Nigerian Primary Schools’ In Ejemujulu,

Ogunmodim, M. (2016). Language Policy in Nigeria: Problems, Prospects and Perspectives. In Ohiri-Aniche (2015). Nkwụsị Aghịrịgha N’ Odide Igbo. Jọnal Amụmamụ Igbo, (10), 1-8.

Ohiri-Aniche (2015). Nkwụsị Aghịrịgha N’ Odide Igbo. *Jọnal Amụmamụ Igbo*, (10) 1-8.

Pupavac, V. (2012). *Language Rights: From Free Speech to Linguistic Governance*. UK: Macmillan Publishers Limited.

Ugwuona, C. N. (2013). Sociolinguistic study of language contact in Ubolo speech community, Enugu State Nigeria. A Ph. D. Dissertation. Department of linguistics, Igbo and other Nigerian languages . University of Nigeria, Nsukka.

Ugwuona, C. N. (2015). Ntọala na Isiokwu ụfọdụ na fọnọlọjị Igbo. Nigeria: University of Nigeria Press Ltd.

Ugwuona, C.N. (2014). Asụmigwe na Naịjirịa: Atụmatụ Asụsụ na Agụm Akwụkwọ. Na *Jọnal Amụmamụ Igbo (Jọai)*, (9) 47-63.

Umo, C. U. & Ezema, T. O. (2007). *Mkpanaaka akwụkwọ ọmụmụ nchọcha n’asụsụ na omenala Igbo.* Nsukka: Ifedimma Communications.

Umo, C. U. & Okeke, C. O. (2009). Mwulite asụsụ Igbo n’ụlọ akwụkwọ sekọndịrị dị na mgbago ugwu Naịjirịa”. *Jonal mmụta Igbo (Journal of Igbo studies).* 4 (1): 73 - 81.

UN (1992) Declaration on the Rights of Persons Belonging to National or Ethnic, Religious and Linguistic Minorities UNGA Doc. No. A/RES/47/135. http://www. un-documents.net/a47r135.htm. Accessed 23 June 2018.

Vollebaek, Knut (2008) ‘Linguistic Rights in the Work of the HCNM: New and Old Challenges in Promoting Comprehensive Security’. Opening speech to to the Conference on Linguistic Rights of National Minorities: Ten Years after the Oslo Recommendations and Beyond. Oslo – 18 June. http://www.osce.org/documents/ hcnm/2008/06/32045_en.pdf. Accessed 16 October 2018.

# Nsogbu Ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime Ntụgharị n'Asụsụ Igbo n'Ogo Sekọndịrị Ukwu n'Okpuru Ọchịchị Igbo-etiti, Steeti Enugwu

Si N'aka
**Dr. Uchenna Fabian Ude**[1]
Department of Arts Education,
University of Nigeria, Nsukka
E-mail address: uchenna.ude@unn.edu.ng
08064231662

**Dr. Chinyere Ezema**[2]
Department of Arts Education,
University of Nigeria, Nsukka
E-mail address:
0807728086

**Na**

**Happiness Chioma Ezema**[3]
Department of Arts Education,
University of Nigeria, Nsukka

**Ụmìedemede**

Nchọcha a lebara anya na nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo n'ogo Siniọ Sekọndịrị dị n'okpuru ọchịchị Igbo-Etiti nke Steeti Enugwu. Ndị nchọcha jiri usoro sọvee wee mee nchọcha. Ndị e ji mee nchọcha bụ ụmụakwụkwọ nọ n'ogo Siniọ Sekọndịrị nke abụọ n'okpuru ọchịchị Igbo-Etiti nke ọnụọgụ ha dị puku abụọ narị ise na iri isii (2,560), ebe ụlọakwụkwọ ha dị iri na isii (16). Ndị nchọcha ji usoro tụmbọm tụmbọm wee sere ụmụakwụkwọ ọnụọgụ ha dị narị abụọ (200) bụ ndị nọchitere anya ndị ọzọ. Ndị nchọcha jiri usoro miin wee hazie ihe a chọpụtara. Ngwa ndị nchọcha jiri mee nchọcha a bụ ajụjụ ederede njụmaaza nke ha haziri n'onwe ha. Ajụjụ nchọcha dị anọ, ebe ndịna ya dị iri abụọ (20). Ọsịsa ajụjụ ọbụla nke akara miin ya ruru 2.5 gbagowe bụ nke a nabatara ma jiri ya wee rụọ ọrụ, ebe ọsịsa ajụjụ ndị nke akara miin ya erughi 2.5 bụ nke onye nchọcha wepuru. Site na nhazi ihe a

chọpụtara, ndị nchọcha chọpụtara nsogbu dị iche iche ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo n'ogo Siniọ Sekọndịrị dịka, olundị ndị nkụzi ji akụzi asụsụ Igbo, mkpụrụokwu ndị Igbo-Etiti, akpaalaokwu na usorookwu. Ndị nchọcha tunyekwara aro n'ihe e nwere ike ime ka e belata nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo dịka gọọmentị ịgba mbọ hụ na ndị nkụzi ha na-ewe n'ọrụ bụ ndị nkụzi mara maka asụsụ Igbo nke ọma. Ha ga-agbakwa mbọ hụ na ha na-akwalite asụsụ Igbo site n'iwepụta ihe nrite dị iche iche maka ụmụ akwụkwọ na-eme nke ọma n'asụsụ Igbo nke ga-eme ka ha nwe mmasị ma matakwa na asụsụ Igbo bụ ihe kwesiri ekwesi na nwata akwụkwọ ọbụla bụ onye Igbo ga-amụta nke ọma nke ga-enyere ha aka n'ime ntụgharị na ndị ọzọ.

Okwu Ndị Pụtakarịchara Ihe: Ntụgharị Asụsụ, Asụsụ Igbo

## Mkpọlite

### Ntọala Nchọcha

Asụsụ bụ ụzọ mmadụ nwere ike isi zipụta mbunuche ya. Mmadụ nwere ike ime nke a site n'ide ya ede maọbụ kwuo ya n'ọnụ. Eze (2012) kọwara na asụsụ bụ okwu e kwuru n'ọnụ maọbụ dee ede n'akwụkwọ nke mmadụ ji eme ka ndị ọzọ mata ihe o bu n'uche. Asụsụ bụ otu ụzọ mmadụ na ibe ya si enwe mmekọrịta nke bụ ụda okwu nwere ezi nghọta nke sitere n'ọnụ mmadụ pụta. Anọzie (2001) kọwara asụsụ dịka ụzọ mmadụ na ibe ya na-esi enwe mkparịta ụka n'etiti onwe ha. Asụsụ Igbo bụ otu n'ime asụsụ atọ nke kacha wee pụta ihe n'ime asụsụ e nwere na Naijirịa. Asụsụ Igbo na-egosi omenala na ihe ndị ọzọ dị iche iche Igbo nwere dịka o siri dị mkpa.

E meela asụsụ Igbo ka ọ bụrụ ihe ụmụakwụkwọ ndị nọ n'ọwụwa anyanwụ Naịjirịa ga-ele n'ule tupu e nye ha asambodo SSCE. Nke a pụtara ihe na nkebi nke mbụ, nkebi edemede asatọ nke Federal Republic of Nigeria (2004). N'ogo siniọ sekọndịrị, asụsụ Bekee na otu asụsụ ala Naịjirịa bụ nke nwata akwụkwọ ọbụla ga-ele n'ule. Uru asụsụ na omenala Igbo bara n'ihe gbasara agụmakwụkwọ, iwelite ndụ mmadụ na obodo elu abụghị ihe a ga-eleghara anya n'ihi na ọ na-enye aka ichekwaba omenala nke obodo dị iche iche dị n'ala Igbo. Asụsụ dịkwa mkpa maka ịkwalite mmekorịta dị mma n'etiti ụmụafọ Naịjirịa. Ọ na-ewetakwa ịdịnotu

na agamnihu na Naịjirịa. Iji mejupụta nke a, gọọmenti etiti nke Naịjirịa kọwara na Federal Republic of Nigeria (2004) na gọọmentị kwetara na asụsụ na-aba uru iji chekwaba omenala nakwa ịkwalite ịdịnotu na Naịjirịa. Nwatakịrị ọbụla ga-amụrịrị otu asụsụ ala Naịjirịa nke a ga-akụziri ya n’ụlọ akwụkwọ.

Asụsụ bụkwa otu ụzọ n’ime ụzọ dị iche iche e nwere ike isi wee mata onye mmadụ bụ. E nwere ike ime nke a site n’aha onye ahụ na-aza nakwa asụsụ ọ na-asụ. Dịka a maara, asụsụ Igbo bụ nke pụtara ihe n’ụzọ abụọ - Igbo Izugbe na olundị. Igbo Izugbe bụ nke onye ọbụla bụ nwafọ Igbo na-aghọta mgbe ọbụla a sụrụ ya maọbụ dee ya ede. Olundị bụ etu ndị si asụ na be ha. Anọzie (2007) kọwara olundị dịka oluasụsụ dị iche iche e ji mara obodo. Nke a bụ n’ihi na e nwere ike isi n’ oluasụsụ mmadụ wee mata ebe onye ahụ siri pụta. Dịka Nwode na Nweze (2015) siri kọwaa, olundị na-emetụta nkụzi na ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo tụmadị mgbe a na-eme ntụgharị ma ọ bụrụ na e webata ya. Nke a bụ n’ihi na mgbe e nyere nwata akwụkwọ ihe ka ọ tụgharia site na Bekee gaa n’Igbo Izugbe, ọ bụrụ na ọ tụgharịa n’olundị ya, ị mara na ọ gaghị enweta ihe e nyere ya ka ọ tụgharịa. Ihe nwere ike ibute nke a bụ mgbe onye nkụzi na-eji olundi wee na-akụziri ụmụakwụkwọ ihe ọmụmụ asụsụ Igbo karịa iji Igbo Izugbe nke nwafọ Igbo ọbụla maara. N’ihi nke a, ọ dị mkpa na onye nkụzi ọbụla na-akụzi ihe ọbụla gbasara asụsụ Igbo ga-abụ onye nwere ọzụzụ nke ọma. Nke a ga-eme na mgbe ọ na-akụziri ụmụaka ihe, ọ ga-ama usoro dị mma na nka ọ ga-ewebata iji mee ka nkụzi ya bụrụ nke ụmụaka ghọtara nke ọma.

Ọzọ kwa, a bịa n’ọmụmụ asụsụ Igbo, mkpụrụokwu bụ otu n’ime ihe ndị na-apụta ihe nke ọma. Agbedọ (2003) kọwara mkpụrụokwu dịka mkpụrụụda maọbụ usoro mkpụrụụda nke nwere nghọta zuru oke n’ime ya, nwekwa ike ịkwụrụ onwe ya ma nwekwa ọrụ pụtara ihe ọ na-arụ n’asụsụ. Ọfọmata (2013) kwadoro nke a mgbe ọ kọwara mkpụrụokwu dịka okwu ọbụla ga-abụ ọ kwụrụ onwe ya, o nwee nkọwa ma nwekwazị nghọta zuru oke. Dịka o siri kọwaa, ihe nghọta mkpụrụokwu ji abụ okwu zuru oke bụ na ọ na-abụ ọ kwụrụ, ihe okwu ahụ pụtara ga-apụta ihe ozigbo, na e nyoghi ya enyo. Ihe nkọwa ndị a dị n’elu na-egosi bụ na mgbe ọbụla mmadụ kwuru ihe banyere mkpụrụokwu, a ga-amata na ọ bụ okwu kwụụrụ onwe ya nke enweghi mgbakwụnye ọbụla a gbakwụnyere na ya iji zipụta nghọta ya. Ọfọmata (2013) gakwara n’ihu wee

kọwaa na mkpụrụokwu nwere ike ịbụ mkpọha, nnọchiaha, ngwaa maọbụ nkejiasụsụ ndị ọzọ e nwere n'asụsụ Igbo. Na nkọwa nke ha, Mbah na ndị ọzọ (2013) kọwara mkpụrụokwu dịka okwu nwere echiche aka ya ma nwee ike ịkwụrụ onwe ya n'asụsụ. Nkọwa nke a yitere nkọwa nke ndị ahụ dị n'elu n'ihi na ọ na-akọwa na mkpụrụokwu bụ nke nwere ike ịkwuụrụ onwe ya, nwee nghọta ma nwekwa ọrụ ọ na-arụ n'asụsụ. Nkọwa ndị a niile na-egosi na a bia n'ọmụmụ asụsụ Igbo, mkpụrụokwu abụghị ihe a ga-eleghara anya n'ihi na ọ na-arụ ọrụ pụrụ iche na ya bụ asụsụ. Ịmaatụ: a bịa na nwube okwu Igbo, ọ bụ mkpụrụokwu ka e ji mwube okwu Igbo dịka:

- Ada + Eze ➔ Adaeze
- Udoka + Mma ➔ Udokamma
- Ụlọ + akwụkwọ ➔ Ụlọakwụkwọ
- Nwata + akwụkwọ ➔ Nwataakwụkwọ

Ọ bụkwa site na mkpụrụokwu ka onye nkụzi sị akụziri ụmụ akwụkwọ alaka ihe ọmụmụ asụsụ Igbo dị iche iche nke ntụgharị so n'ime ha. Ya bụ na mgbe nwata akwụkwọ amaghị mpụtara mkpụrụokwu n'otu asụsụ, Ọ gaghị enwe ike ịtụgharị ya gaa n'asụsụ ọzọ tụmadị mgbe e ji mkpụrụokwu ndị ahụ mebe ahịrịokwu. A bịa n'ọmumụ asụsụ Igbo, e nwere ngalaba dị iche iche dịka edemede, ụtọasụsụ, agụmagụ, omenala na ewumewu. Ntụgharị bụ mmadụ idegharị ihe site n'otu asụsụ wee baa n'ọzọ. Mbah na ndị ọzọ (2013) kọwara ntụghrị dịka ngalaba ntụcha agụmagu na-ahụ maka ntapị maọbụ ntapịgharị asụsụ iji nye ya nghọta metụtara omenala ntụcha dị iche iche n'ụzọ ọ ga-adị n'etiti agụmagụ ntulekọrita, ebe ọ bụ na ike ekemeke mpụrụ iche na-esite na mbịakọtaọnụ asụsụ apụta (p.g. 7).

Nke a pụtara na ekemekeuche mmadụ na-apụta ihe site n'ime ntụgharị si n'otu asụsụ gaa na nke ọzọ. Ya bụ site n'asụsụ nzimozi gaa n'asụsụ nnataozi.

Asụsụ nzimozi pụtara asụsụ e dere ihe e nyere mmadụ ka ọ tụgharịa dị na ya, ebe asụsụ nnataozi pụtara asụsụ a chọrọ ka mmadụ tụgharịa ederede ahụ na ya. Nwike (2015) kọwara na e nwere ụfọdụ ebe a na-eji okwu a bụ ntụgharị were na-arụ ọrụ. Ha gụnyere: Fiziks nke bụ ịgbanwe ọnọdụ ihe ọbụla dịka usoro ya siri dị. A ga-ahụta na a na-enwe nnọgharị ọnọdụ site n'otu ọnọdụ gaa

n'ọzo mgbe ọbụla a na-eme ntụgharị. Robinson (2007 na Schafner (2007) gosiri na a bịa na ntọala ntụgharị, ọ bụ iweta echiche site n'otu asụsụ maọbụ olundị gaa n'asụsụ maọbu olundị ọzọ. Ya bụ na mmadụ nwere ike ime ntugharị site n'asụsụ Izugbe gaa n'olundị maọbụ site n'olundị gaa n'asụsụ Izugbe bụkwanụ asụsụ nke mmadụ niile nabatara ka a sụwa n'obodo.

Ọzọ kwa, Nida (2001) kọwara ntụgharị dịka ibufe echiche dị n'akwụkwọ site n'otu asụsụ gaa n'ọzọ. Ihe nke a na-egosi bụ na e nwere ike ime ntụgharị n'ụdị ederede n'akwụkwọ. Bassnett (2008) gakwara n'ihu nye nkọwa nke ya gbasara ntụgharị site n'ikwu na ọ bụ izipụta echiche dị n'akwụkwọ nzimozi were gaa na nke nnataozi iji hụ na mepụtara echiche ha abụọ yiri onwe ha. Ihe nke a na akọwa bụ na mgbe ọbụla mmadụ na-eme ntụgharị, ọ ga-agba mbọ wee hụ na mbunuche dị n'asụsụ nzimozi bụ nke pụtara ihe n'asụsụ nnataozi. Onye na-eme ngụgharị bụ ya ji aka ya were na-eme mbufe echiche n'ụdị ibufe echiche ahụ dị n'asụsụ nzimozi gaa na nke nnataozi ma gba mbọ hụ na o mere ntụgharị etu o kwesiri.

Ntụgharị na-eme ka e nwee mgbanwe n'etu mmadụ si ahụta onye ya na ya anọghị n'otu agbụrụ maọbụ anaghị asụ otu asụsụ. Ọ na-eme ka e nwee ezi mmekọrịta n'etiti ndị abụghị otu agbụrụ site n'ịzụkọrịta onwe ha ahịa maọbụ nwee udo n'ihu ụlọ ọrụ ha. Ntụgharị na-emekwa ka e nwe ezi mkpọzi nke mkpụrụokwu abụghị asụsụ nke onye maọbụ ndị ntụgharị. Ntụgharị gbasara ndịiche na myiri na-adị n'asụsụ abụọ nke na-enyeaka iwepụta mma dị n'asụsụ a na-elebanye anya na ya. Ọ naghi adị mfe mmadụ ịtụgharị ederede Bekee n'Igbo ọ kachasị mgbe ihe a na-atụgharị bụ maka gburugburu agbụrụ asụsụ nke ya na asụsụ a na-atụgharị abụghị otu asụsụ.

Eze (2012) kọwara na ntụgharị bụ ọrụ na-enye ụmụakwụkwọ nsogbu n'ihi na dịka e nwere iwu dị iche iche na-achị asụsụ ọbụla bụ nke ndị nwe ya na-agbaso, ọ bụghị mgbe niile ka onye ntụgharị maọbụ nwataakwụkwọ na-ama iwu ndị ahụ ọ kachasị iwu nke nnataozi. A bịa n'asụsụ Bekee, otu n'ime nkejiasụsụ e nwere bụ nkọwaaha na-eburu aha ọ na-akọwa ụzọ, oge ụfọdụ ọ nọrọ n'ihu, oge ụfọdụ, ọ nọrọ n'azụ mana a bịa n'asụsụ Igbo, ọ na-ekpe azụ n'ahịrịokwu. Ihe ndị a niile bụgasị nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'ogo siniọ sekọndịrị. Ụmụakwụkwọ n'ogo siniọ sekondịrị na-enwekwa nsogbu n'ime ntụgharịa n'ebe ihe

gbasara mkpụrụasụsụ nọ ọ kachasị mgbe mkpụrụasụsụ dị na nzimozi adịghị na nke nnataozi.

N’ agbanyeghi nsogbu ndị a niile dị n’elu nke ụmụ akwụkwọ na-enwe n’ime ntụgharị, ha na-enwekwa ike ịdị na-enwe nsogbu n’ihe gbasara nka na ntụgharị. Ụmụakwụkwọ na-enwekarị nsogbu nka n’ihe gbasara ntụgharị n’ihi na oge ụfọdụ, ha anaghị ama ihe okwu ụfọdụ odee webatara n’edemede ya putara.

Ọzọ kwa, Eze (2012) kọwara na nwataakwụkwọ ọbụla ga-ebu ụzọ mata ihe edemede na-ekwu maka ya tupu o bido ntụgharị ọ kachasị n’ule WAEC na NECO. Nke a pụtara na nwataakwụkwọ ahụ ga-agụ ederede ahụ ugboro ugboro iji ghọta ya nke ọma tupu o bido ime ntụgharị. Eze gakwara n’ihu wee kọwaa na mgbe nwataakwụkwọ gụrụ ederede otu ugboro wee bido ime ntụgharị, ọ gaghi emeta ya nke ọma. Onye na-eme ntụgharị ga-akwado onwe ya nke ọma iji wepụtacha ihe ndị dị n’ederede nke a tụrụ anya n’aka ya. Nke a na-egosi na ntụgharị abụghi ihe e ji ọsọ ọsọ eme.

A bịa n’amụmamụ asụsu Igbo, akpaalaokwu so n’ime atụmatụokwu e nwere. Dịka Ọfọmata (2013) si kọwaa, akpalaokwu bụ okwu nkà ndị Igbo ji achọ asụsụ ha mma. Dịka O siri kọwaa, akpalaokwu na-adị na nkebiokwu maọbụ nkebiahịrịokwu, mana nkebiokwu ya na-adị n’ime ahịrịokwu ma e were ya mebe okwu. Nke a pụtara na akpaalaokwu enweghi ike ịkwụrụ onwe ya ma nwe nghọta zuru oke, kama ọ ga-adịrịrị n’ime ahịrịokwu iji zipụta nghọta ya. Ndị Igbo ji akpaalaokwu ama onye maara asụsụ nke ọma. N’ihi nke a, o kwesiri ka onye ọbụla bụ nwaamala Igbo ma onye ọbụla na-amụ asụsụ Igbo na omenaala ya tụmadị ime ntụgharị mụta nke ọma ihe bụ akpaalaokwu na etu e si eji ya ekwu okwu n’asụsụ Igbo. Nke a bụ maka na dịka Ọfọmata (2013) siri kọwaa, onye amaghị ihe bụ akpaalaokwu anaghịkwa ama mgbe e ji ya kwuo okwu maọbụ mgbe ọ pụtara ihe n’ime ahịrịokwu bụkwanụ nke ga-eme na onye ahụ ghara ama nkọwa ya maọbụ mpụtara ya. Ịmaatụ akpaalaokwu gụnyere:

a. Ọ na-eme <u>aka ntụtụ.</u>
b. Nwoke a nwere <u>ụwa isa aka</u> n’afọ a.
c. Agụụ na-achọ <u>ibe Obodo a ntị</u>.
d. Ezinaụlọ maazị Okafọ <u>emebeghi aka n’ọnụ</u> kemgbe ụnyahụ.

e. Obi ndị Obodo a <u>na-akwu anwụrụ.</u>

Ọ bụrụ na e lee anya n'ọmụmaatụ ndị a dị n'elu, a ga-ahụ na mpụtara akpaalaokwu ndị ahụ dịgasị n'ahiriọkwu ndị ahụ abụghị nke mmadụ nwere ike ịkwụrụ ọtọ zipụta ma ya echemighi echiche ime banyere ya. Ya bụ na akpaalaokwu na-ahịa ahụ na ntụgharị n'ọmụmụ asụsụ Igbo tụmadị isi n'asụsụ Igbo tụgharịa ya gaa n'asụsụ ọzọ ọbụladị n'oge ule. Nwataakwụkwọ ọbụla na-akwado ule n'ogo siniọ sekọndịrị ga-agba mbọ hụ na ọghọtara usorookwu asụsụ nzimozi na nke nnataozi iji hazie ntụgharị ya nke ọma. Mba na ndị ọzọ (2013) kọwara usorookwu dịka amụmammụ gbasara ka asụsụ si ahazi okwu iji mebe ezi ahịrịokwu. Anagbuọgụ, Mba na Eme (2001) kọwara usorookwu dịka mbịakọtaọnụ maọbụ mkpudewe nso. Ya bụ na usoro okwu bụ ọmụmụ maka mmekọrịta na-adị n'etiti mkpụrụokwu na ibe ya iji mebe ahiriọkwu. Mbịakọta okwu na ibe ya na-agbaso ụzọ iwu kwadoro iji wee mebe ahịrịokwu n'asụsụ ọbụla, a ga-eso ụzọ pụtara ihe nke ndị nwe asụsụ ahụ họpụtara iji wee jikọta asụsu ha. Dịka Anagbuọgụ, Mba na Eme siri kọwa, ihe ọmụmụ usoro okwu sitere n'aka ndị okenye ihe ọmụmụ Grik. Ọ bụ ha sitere na nnyọcha ha wee wepụta usoro amụmamụ asụsụ usorookwu. Ọ bụkwa site na nyọcha ha a ka ha siri nweta nkejiasụsụ niile e ji emebe ahịrịokwu. N'ihi emetaghị nke ọma n'ule n'ihe gbasara ntụgharị n'asụsụ Igbo ka onyeisi ule WAEC n'afọ (2006) siri gosi, ka onye nchọcha jiri buru n'obi ịchọpụta nsogbu dị iche iche ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị dị n'okpuru ọchịchị Igbo-Etiti nke dị na Steeti Engwu na-enwe. Onye isi ule WAEC (2017) gosiri na ụmụakwụkwọ emeghi nke ọma n'ihe gbasara ntụgharị n'asụsụ Igbo nke kpalitere mmụọ ndị nchọcha ịchọpụta nsogbu ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu dị n'okpuru ọchịchị Igbo-Etiti na steeti Enugwu na-enwe n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo.

**Nsogbu Nchọcha**

Ndị nchọcha na-eche na nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo ọ kachasị n'ogo sekọndịrị ukwu so n'ihe na-eme na ha emetaghị nke ọma n'ule ha bụkwanụ nke na-enye nne na nna, ndị nkụzi nakwa ụmụakwụkwọ nsogbu n'oge ugbu a. Onye isi ule WAEC (2007) kọwara na ụmụakwụkwọ emeghi nke ọma n'ịtụgharị abụ na iduuazi e nyere ha tụgharịa. Ọ bụ nke a mere ndị nchọcha jiri chọ ileba anya na nsogbu dị iche iche ụmuakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'ogo siniọ sekọndịrị ọ

kachasị n'ụlọ akwụkwọ dị n' okpuru ọchịchị Igbo-Etiti na Steeti Enugwu.

**Mbunuche Nchọcha**

Mbunuche nchọcha a nke izugbe bụ ichọpụta nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo n'ogo siniọ sekọndịrị nke dị n'okpụrụ ọchịchị Igbo-Etiti na Steeti Enugwu. Nchọcha a ga-eleba anya n'ihe ndị a:

1. Ịchọpụta etu olundị ndị nkụzị ji akụzi asụsụ Igbo si bụrụ nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo n'ogo siniọ sekọndiri dị n'okpuru ọchịchị Igbo-Etiti.
2. Ịchọpụta etu mkpụrụokwu Igbo-Etiti si bụrụ nsogbu ụmu akwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo n'ogo siniọ sekọndịrị dị n'okpuru ọchịchị Igbo-Etiti na Steeti Enugwu.
3. Ịchọpụta ka akpaalaokwu si bụrụ nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo n'ogo siniọ sekọndịrị dị n'okpuru ọchịchị Igbo-Etiti.
4. Ịchọpụta etu usorookwu si bụrụ nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo n'ogo siniọ sekọndịrị dị n'okpuru ọchịchị Igbo-Etiti.

**Uru Nchọcha**

Ndị nchọcha a ga-abara uru gụnyere ụmụakwụkwọ, ndị nkụzi, ndị nne na nna, ndị omebe kọrikulum nakwa ndị omebe iwu amụmamụ nke ala Naịjirịa. Nchọcha a ga-abara ụmụakwụkwọ uru n'ebe ọ dị ukwuu n'ihi na nchọcha a hibere isi n'ebe ha nọ. Ọ ga-enyere ha aka ịmata ihe ha na-amaghị banyere ntụgharị n'asụsụ Igbo. Nchọcha a ga-enye aka belata nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo. Ụmụakwụkwọ ga-enwetakwa enyemaka site n'ịchọpụta na olundị na Igbo Izugbe abụghị otu. Nke a ga-adị ire site n'ime ka ha jiri asụsụ Izugbe na-amụ asụsụ Igbo ma jirikwa ya na-eme ntụgharị site n'ịchịkọbara ha ọgbakọ maka asụsụ Igbo ya na ịdị na-egosi ha ihe onyonyo mgbe na ebe ọbụla ha na-amụ maka asụsụ Igbo. Mgbe ha matara na naanị Igbo Izugbe ka a nabatara ka e jiri na-ede ma na-asụ asụsụ Igbo, ọ ga-enyere ha aka ibelata nsuhie na ndehie niile ha na-eme.

Nchọcha a ga-enyere ụmụakwụkwọ aka ịmata na mkpụrụokwu bụ ihe di mkpa n'ọmụmụ asụsụ Igbo tụmadị n'ime ntụghari. Ha ga-amata na mkpụrụokwu bụ okwu ọbụla kwụụrụ

onwe ya, nwe nghọta zuru oke ma nwee ọrụ ọ na-arụ n'asụsụ. Ebe nke a na-apụtakarị ihe bụ n'abụ. Nke a bụ maka na okwu a pịrị api ma dịkwa ọkpụrụkpụ ka ndị odeabụ ji wee na-ezipụta echiche ha mgbe ha na-ede ederede abụ. Ya bụ na nchọcha a ga-eme ka nwataakwụkwọ ọbụla mara na tupu O bido ime ntụgharị n'asụsụ Igbo, ọ kachasị n'ihe gbasara abụ, ọ ga-ebu ụzọ ghọta ihe mpụtara mkpụrụokwu ahụ bụ.

Nchọcha a ga-abakwara ụmụakwụkwọ uru n'ihi na ha ga-amụta etu e si ejikọta mkpụrụokwu na ibe ya iji mebe ahịrịokwu. Nke a ka ha ga-eme site n'ịma ihe gbasara ụsoro okwu n'asụsụ Igbo. Ha ga-amatakwa nkejiasụsụ dị iche iche e nwere n'asụsụ Igbo na ka e si ejikọta ha ọnụ iji mebe ahịrịokwu.

N'ịga n'ihu, nchọcha a ga-abara ndị nne na nna uru n'ihi na ha ga-amata na asụsụ Igbo so n'otu n'ime asụsụ atọ ndị ahụ a nabatara na Naịjirịa ka e jiri na akụzi ihe n'ụlọ akwụkwọ ma jirikwa ya na-akparịta ụka n'etiti ndị maara asụ ya. Mgbe nne na nna na-asụrụ ụmụaka ha asụsụ Igbo, ọ ga-enyere ha aka ịmụta ya nke ọma ma nwekwa ike ime ntụgharị n'ụdị ọbụla n'ụlọakwụkwọ ha tụmadị n'oge ule ha. Mgbe nke a mere, ha ga-eme ka nne na nna ha nwee obiụtọ n'ebe ha nọ. Nchọcha a ga-abara ma ndị nkụzi ma ụmụakwụkwọ uru site n'ime ka ha mata ihe bụ mpụtara akpaalaokwu dịka otu n'ime okwu nka ndị Igbo ji achọ asụsụ ha mma. Ndị nkụzi ga-amata etu e si eji akpaalaokwu ekwu okwu, ebe ụmụakwụkwọ ga-amata na akpaalaokwu na-adị n'ụdị nkebiokwu maọbụ nkebiahịrị nke na-adị n'ime ahịrịokwu.

N'ịkpeazụ, nchọcha a ga-abara ndị omebe kọrịkulum na ndị omebe iwu amụmamụ asụsụ Igbo uru site n'ime ka ha mara na usorookwu na akpaalaokwu bụ ihe ọmụmụ dị oke mkpa n'asụsụ Igbo ma gba mbọ zidata akwụkwọ ederede ha ebe ụmụakwụkwọ na ndị nkụzi ga-esi wee mụta ha. Nke a ga-enyere ụmụakwụkwọ aka n'ịma ihe gbasara ọmụmụ asụsụ Igbo nke ọma ma mee ka ha mee nke ọma n'ule ha niile tụmadị n'ime ntụgharị.

**Ajụjụ Nchọcha**

1. Kedu ka Olundị ndị nkụzi ji akụzi asụsụ Igbo si bụrụ nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo n'ogo siniọ sekọndịrị dị n'okpuru ọchịchị Igbo-Etiti?

2. Kedu ka mkpụrụokwu Igbo-Etiti si bụrụ nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo n'ogo siniọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị Igbo-Etiti?
3. Kedu ka akpaalaokwu si bụrụ nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo n'ogo siniọ sekọndịri dị n'okpuru ọchịchị Igbo-Etiti?
4. Kedu etu usorookwu si bụrụ nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo n'ogo siniọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị Igbo-Etiti?

**Atụtụ Mmụgharị**

**Atụtụ Akparamaagwa**

Atụtụ akparamaagwa dịka o siri gbasata ịsụ asụsụ na-akọwa na mgbe a mụrụ nwatakịrị na onweghi ihe ọbụla dị ya n'ụbụrụ. Dịka B.F. Skinner (1957) siri wee kọwaa, ọ bụ ndị mgbazi dịka ndị nne na nna, ụmụnne, ndị ọgbọ, nakwa ndị nkụzi bụ ndị ga-akụziri nwata ahụ ihe nke gana-abanye ya n'ụbụrụ ya. Site n'ụzọ dị etu a ka nwata ahụ ga-esi wee mata usoro ọ ga-esi wee na-akpọpụta mkpụrụokwu ka o nwe nghọta ma matakwazie ka e si akpọpụta okwu ndị ahụ. Skinner kọwara na asụsụ bụ ihe a na-amụ amụ. Ọ gakawra n'ihu wee kọwaaa, na ọmụmụ asụsụ nwatakịrị ọbụla na-ebido n'ụda, ndokọ mkpụrụokwu nke na anaghi agbaso usoro mmebe okwu asụsụ ahụ. Ihe ndị a metụtara nchọcha a n'ihi na ọ bụ onye nkụzi ga-akụziri nwataakwụkwọ usoro asụsụ nakwa etu nwata a ga-esi were asụsụ ahụ wee mee ntụgharị.

**Atụtụ Ndịnụbụrụ**

Atụtụ ndịnụbụrụ dịka Chomsky (1959) siri kọwaa bụ atụtu na-akọwa na nwata ọbụla a mụrụ n'ụwa nwere ọnatarachi nke na-enyere ya aka ịmuta asụsụ. Nke a na-egosi na nwata ọbụla nwere ike ịmụta asụsụ ọbụla. Ihe ahụ dị n'ụbụrụ nwatakirị ọbụla nke na-enyere ya aka ịmuta asụsụ ka Chomsky kpọrọ 'Ngwa Mmụta Asụsụ' (NMA). Chomsky gakwara n'ihu wee kọwaa na NMA na-enyere nwatakirị ahụ aka n'ịmụ iwu e ji asụ asụsụ ahụ na iwu a ga-agbaso na ndokọ na ọmụmụ asụsụ ahụ. O kwukwara na NMA bụ ihe ga-enyere nwata ahụ aka n'imebe okwu mgbe ọ mụchara iwu asụsụ ahụ. Atụtụ ndịnụbụrụ nke Chomsky a gụnyere asụsụ ọbụla n'ihi na asụsụ ọbụla nwere aha, ngwaa, ụdaume na mgbochiume. Nwata ọbụla nwere ụzọ dị iche iche o si amụta asụsụ ọbụla site

n'enyeamaka NMA n'ihi na asụsụ ọbụla nwere ebe dị ahụhụ na ebe ndị nwe ya nọ. Ya bụ na nwata ọbụla kwesiri ịmata ka e si asụ asụsụ ya nke ọma mgbe O ruru afọ ise maọbụ isii ma ọ bụrụ na nwata ahụ ahụta onwe ya na gburugburu ebe ndị maara asụ ya bụ asụsụ nke ọma nọ. Atụtụ a metụtara nchọcha a n'ihi na nwatakịrị ọbụla na-elegara ndị okenye maọbụ ndị nkụzi anya na mmụta asụsụ ya nakwa nkụzi na ọmụmụ asụsụ ọbụla nke ga-enyere ya aka ime ntụgharị mgbe ọbụla e nyere ya ọkachasi n'oge ule. Ọzokwa, atụtụ a metụtara nchọcha a n'ihi na asụsụ Igbo nke e ji eme nchọcha a nwere aha, ngwaa, ụdaume na mgbochiume.

**Nchọcha A Hụrụ Anya**

Ugwu na Onyishi (2016) mere nchọcha banyere nsogbu ụmu akwụkwọ sekọndịrị na-enwe n'ịtụgharị ederede Bekee gaa n'asụsụ Igbo n'okpuru ochịchị Igbo-Eze Saụwụtụ nke Steeti Enugwu. Ha jiri usoro miin wee hazie nchocha ha. Ha jiri ndị nkụzi Igbo dị iri abụo na isii na ụmụakwụkwọ SS 2 dị narị atọ na iri asaa na anọ wee mee nchocha ha. Ugwu na Onyishi (2016) chọpụtara na nchọcha ha na ụloakwụkwọ enweghi ezigbo ndị nkụzi ga-akụzinwu ntụgharị nke ọma bụ otu nsogbu a na-enwe n'ọmụmụ ntụgharị ederede Bekee gaa n'Igbo n'ụlọakwụkwọ siniọ sekọndịrị. Ha chọpụtakwara na e nweghi ọtụtụ ngwa nkụzi maka ntụgharị so n'ihe na-ebute nsogbu n'ime ntụgharị site n'asụsụ Bekee gaa n'asụsụ Igbo. Nchọcha nke Ugwu na Onyishi nwere myiri na nchọcha nke a n'ihi na ha abụọ na-ekwu maka nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'ụlọakwụkwo sekọndịrị. Ndịiche ha nwere bụ na nchọcha nke Ugwu na Onyishi mere gbadoro ụkwụ n'okpuru ọchịchị Igbo-Eze Saụwụtụ dịka ebe nchọcha ha, ebe nchọcha nke a gbadoro ụkwụ n'okpụrụ ọchịchị Igbo-Etiti dịka ebe nchọcha. Okonkwọ (2010) mere nchọcha banyere nsogbu ntụgharị na usoro ya n'asụsụ Igbo na Koleji kedukeshọnụ dị na Parkishin nke Plateau Steeti. O jiri ụmụakwụkwọ dị iri atọ na-eme ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ ahụ wee mee nchọcha ya site n'inye ha ngwa nchọcha njụmaaza nke ha zakwara. Okonkwọ chọpụtara na nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'ụlọ akwụkwọ Parkshin bụ nke sitere n'akpaalaokwu, ụtọasụsụ na mkpụrụasụsụ. Nchọcha a nwere myiri na ndịiche di n'etiti ya na nke a na-eme ugbu a. Myiri dị na ha abụọ bụ na ha gbadoro ụkwụ n'ịchọpụta nsogbu a na-enwe n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo. Ndịiche dị na ha abụo bụ na nchọcha

nke Okonkwọ jiri Parkshin dị na Steeti. Plateau wee mere ebe nchọcha ya, ebe onye nchọcha a ga-eji okpuru ọchịchị Igbo-Etiti dị na Steet Enugwu wee mere ebe nchọcha ya. Eze (2012) mere nchọcha banyere nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ịza ajụjụ ntụgharị Igbo n'ule WAEC na NECO. Ebe ọ nọrọ mee nchọcha ya bụ n'Igbo-Eze Nọọtụ nke Steeti Enugwu. O jiri usoro Sọvee wee mee nchọcha ya. Ndị o jiri mee nchọcha ya bụ ndị nkụzi Igbo niile na ụmu akwụkwọ ndị nke nọ na SS 2. Eze (2012) chọpụtara na nsogbu ụmuakwụkwọ na-enwegasị n'ịza ajụjụ ntụgharị n'ule WAEC na NECO gụnyere ụkọ akwụkwọ e ji eme ntụgharị, enweghi ezigbo mmụta banyere asụsu abụọ a na-eme ntụghari na ha tinyere enweghi ezigbo ọzụzụ n'ebe ntụgharị dị. Nchọcha Eze na nke a na-eme ugbu a nwere myiri na ndịiche dị n'etiti ha. Myiri dị n'etiti ha abụọ bụ na ha na-eleba anya na nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'asụsu Igbo. Ha abụọ bụkwa na Steeti Enugwu ka ha abụo nọrọ mee nchọcha ha. Ndịiche dị n'etiti ha abụọ bụ na nchọcha nke Eze mere bụ n'okpuru ọchịchị Igbo-Eze Nọọtụ ka o jiri mere ebe nchọcha nke a bụ n'okpuru ọchịchị Igbo-Etiti ka a nọrọ mee ya.

N'ime nchọcha a hụrụ anya ndị ahụ a tụlere, o nweghi nke e mere n'okpuru ọchịchị Igbo-Etiti. Ọ bụ nke a kpalitere ndị nchọcha ime nchọcha a n'ebe ahụ.

## Usoro Nchọcha

### Ụdị Nchọcha

Na nchọcha a, ndị nchọcha ji usoro Sọvee mee ya. Usoro Sọvee dịka Nworgu (2016) siri kọwaa bụ nke na-amụ maka ọtụtụ mmadụ maọbụ ọtụtụ ihe site n'inweta na ihazi ngwa mmụta (data) site n'ụfọdụ mmadụ maọbụ ihe nke nọchitere anya ndị ọzọ niile. Ọzọ, usoro Sọvee na-enye ọsịsa e nwetara n'aka ụmuakwụkwọ bụkwanụ nke a ga-eji chọpụta nke bụ eziokwu gbasara nsogbu ụmụ akwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'ogo Sinịọ Sekọndịrị dị n'okpuru ọchịchị Igbo-Etiti na Steeti Enugwu.

### Ebe Nchọcha

Ebe a nọ mee nchọcha a bụ n'okpuru ọchịchị Igbo-Etiti nke Steeti Enugwu. Isi ụlọọrụ Igbo-Etiti dị n'Ogbede. Onye si Enugwu na-aga Mahadum Naịjirịa Nsụka ga-ahapụ okpuru ọchichị Udị wee

nweta Igbo-Etiti. Ọ bụrụ onye si ụzọ oyibo ochie, ọ ga-agafe Ụmụlumgbe tupu ọ bata Ukehe nke dị n’Igbo-Etiti. Onye si ụzọ oyibo nke ọhụrụ ga-agafe Ụmụọka wee bata Ogbede. A gachaa Igbo-Etiti, obodo mbụ a ga-enweta bụ Opi nke dị n’okpuru ọchịchị Nsụka. Akụ, Ohodo, Ọzalla na Obodo ndị ọzọ dịgasị n’okpuru ọchịchị Igbo-Etiti. Aka ọru ndị Igbo-Etiti bụ ọrụ ugbo.

**Ndị E jị Mee Nchọcha**

Ndị e ji mee nchọcha bụ ụmụakwụkwọ ọnụọgụ ha dị puku abụọ na naarị ise na iri isii, ebe ụlọakwụkwọ ha dị iri na isii bụ nke onye nchọcha nwetara na ‘Post primary School Management Board Ogbede Zonal Office’ dị na Ogbede. Onye nchọcha họọrọ ụmụakwụkwọ ndị nọ n’ogo Siniọ Sekọndịrị nke abụọ n’ihi na ha ka a na-akwadowe maka ule WAEC na NECO n’afọ na-abịanụ.

**Nsere na Usoro Nsere**

Ọnụọgụ ndị nchọcha seere dị nari abụọ (200). Nke a ka ndị nchọcha mere site n’iji usoro tụmbọm tụmbọm wee họpụta.

**Ngwa Nchọcha**

Ngwa nchọcha ndị nchọcha ji mee nchọcha a bụ ajụjụ ederede njụmaaza nke ndị nchọcha haziri n’onwe ha maka nchọcha a bụ nke a kpọrọ Njụmaaza Nsogbu Ụmuakwụkwọ na-enwe n’ime ntụgharị n’ogo Siniọ Sekọndịrị n’okpuru ọchịchị Igbo-Etiti (NNNNUNAISSI). Ndịna ya dị iri abụọ.

Ajụjụ ederede njụmaaza ahụ nwekwara ọsịsa nke gụnyere:

| | | |
|---|---|---|
| Ekwesiri m ike | ịEIṅ | akara anọ |
| Ekwere m | | (E).akara atọ |
| Ajụrụ m | (A) | akara abụọ |
| Ajụsiri m Ike | | (AI).otu akara |

**Usoro Nnweta Ihe Nchọcha**

Ndị nchọcha gara n’ụlọakwụkwọ ndị e ji mee nchọcha wee kesaa ajụjụ ederede njụmaaza ndị ahụ n’etiti ụmụakwụkwọ. Ndị nchọcha gbara mbọ hụ na a nakọtara ajụjụ ederede njụmaaza narị abụọ ahu e nyere ụmụakwụkwọ.

**Usoro Nhazi Ihe Nchọcha**

N'ebe a, ndị nchọcha ji ngwa ntụcha miin wee hazie ihe a chọpụtara na ndịpụ n'izugbe (STD). Ọzọ, ọsịsa ajụjụ ọbụla nke erughi miin 2.5 bụ nke anabataghị na nchọcha, ebe nke ruru 2.5 gbagowe bụ nke a nabatara.

**Nhazi Ihe A Chọpụtara**

**Tebul nke Mbụ**

**Ajụjụ Nchọcha nke Mbụ:** Kedu etu olundị ndị nkụzi ji akụzi asụsụ Igbo si bụrụ nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo n'ogo Siniọ Sekọndịrị n'okpuru ọchịchị Igbo-Etiti?

Ọsịsa ụmụakwụkwọ nyere gbasara etu olundị ndị nkuzi si bụrụ nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo n'ogo siniọ sekọndịrị dị n'okpuru ọchịchị Igbo Etiti.

**N = 200**

| **Ọnụọ gụgụ** | **Ndịna** | **EI** | **E** | **A** | **AI** | **Miin** | **S.D** | **Mkpebi** |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| 1. | Ọtụtụ ndị nkụzị ji naanị olundị Igbo-Etiti akụzị asụsụ Igbo nke mere na ụmụaka enweghi ike iji Igbo Izugbe mee ntụgharị | 71 | 19 | 72 | 38 | 2.62 | 1.15 | Anabatara |
| 2. | Ọtụtụ ndị nkụzi amaghị asụ | 57 | 86 | 32 | 25 | 2.88 | 0.97 | Anabatara |

| | | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| | Igbo Izugbe nke mere ha ji ewebata asụsụ Bekee na nkụzi ha. | | | | | | | |
| 3. | Ụmụakwụkwọ na-aghọta Olundị Igbo-Etiti karịa Igbo Izugbe. | 117 | 34 | 28 | 21 | 3.24 | 1.05 | Anabatara |
| 4. | Ọtụtụ ndị nkụzi na-agwakọrịta Olundị Igbo-Etiti na Igbo Izugbe. | 103 | 65 | 19 | 13 | 3.29 | 0.89 | Anabatara |
| 5. | Ọtụtụ ndị nkụzi amaghị ihe di iche n'etiti olundị na Igbo Izugbe. | 49 | 25 | 40 | 86 | 2.19 | 1.29 | Anabatara |
| | **Mkpokotaọnụ Miin** | | | | | **2.8** | | |

Tebul nke mbụ na-egosi ọsịsa e nwetara n'ajụjụ nchọcha nke mbụ. Tebul a na-egosi na n'ime ndịna ise dị n'ajụjụ nchọcha nke mbụ, anọ bụ ihe nwere miin karịrị 2.5. Nke a na-egosi na etu olundị ndị nkụzi ji akụzị asụsụ Igbo si bụrụ nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo n'ogo Siniọ Sekọndịrị n'okpuru ọchịchị Igbo-Etiti bụ na ọtụtụ ndị nkụzi ji naanị olundị Igbo etiti akụzi asụsụ Igbo nke mere na ụmụaka enweghi ike iji Igbo Izugbe mee ntụgharị, ọtụtụ ndị nkụzi amaghị asụ Igbo Izugbe nke mere ha ji ewebata asụsụ Bekee na nkụzi ha, ụmụakwụkwọ na-aghọta olundị Igbo-Etiti karịa Igbo Izugbe ya nakwa ọtụtụ ndị nkụzi na-agwakọrịta olundị Igbo-Etiti na Igbo Izugbe.

**Tebul nke Abụọ**

**Ajụjụ Nchọcha nke Abụọ:** Kedu ka mkpụrụokwu si bụrụ nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo n'ogo Siniọ Sekondịrị n'okpuru ọchịchi Igbo-Etiti?

Ọsịsa ụmụakwụkwọ nyere gbasara etu mkpụrụokwu si bụrụ nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo n'ogo siniọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị Igbo-Etiti.

| Ọnụ ọgụ | Ndịna | EI | E | A | AI | Miin | S.D | Mkp ebi |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| 6. | Ọtụtụ ndị nkụzị ji mkpụrụokwu Olundị Igbo-Etiti anọchite mkpụrụokwu Igbo Izugbe dịka waa (mba), ụụtụ (ụtụtụ), leeke (lee) nke mere ha ji ada n'ule ha. | 63 | 25 | 44 | 68 | 2.42 | 1.25 | Anab ataghị |
| 7. | Ụmụakwụkwọ na-aghọta mkpụrụokwu Igbo-Etiti karịa nke Igbo Izugbe nke mere ha ji ewere ha eme ntụgharị n' asụsụ Igbo. | 70 | 84 | 27 | 19 | 3.03 | 0.93 | Anab atara |
| 8. | Ọtụtụ ndị nkụzi na-agwakọrịta mkpụrụokwu | 89 | 39 | 30 | 42 | 2.88 | 1.19 | Anab atara |

| | | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| | Igbo Izugbe na nke Olundị Igbo-Etiti iji kụziere Ụmụakwụkwọ ihe ọmụmụ asụsụ Igbo. | | | | | | | |
| 9. | Ụmụakwụkwọ ji mkpụrụokwu Igbo-Etiti anọchite anya mkpụrụokwu Igbo Izugbe n'ime ntụgharị. | 61 | 44 | 41 | 54 | 2.56 | 1.18 | Anabatara |
| | **Mkpokotaọnụ Miin** | | | | | 2.7 | | |

Tebul nke abụọ na-egosi ọsịsa e nwetara n'ajụjụ nchọcha nke abụọ. N'ime ndịna ya dị anọ, atọ nwere miin gafere 2.5. Nke a na-egosi na etu mkpụrụokwu Igbo-Etiti si bụrụ nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo n'ogo Siniọ Sekondịrị dị n'okpuru ọchịchị Igbo-Etiti bụ na ụmụakwụkwọ na-aghọta mkpụrụokwu Igbo-Etiti karịa nke Igbo Izugbe nke mere ha ji ewere ha eme ntụgharị n'asụsụ Igbo. Ọtụtụ ndị nkụzi na-agwakọrịta mkpụrụokwu Igbo Izugbe na nke olundị Igbo-Etiti iji kụziere ụmụakwụkwọ ihe ọmụmụ asụsụ Igbo. Ọzọ kwa ụmụakwụkwọ ji mkpụrụokwu Igbo-Etiti anọchite anya mkpụrụokwu Igbo Izugbe n'ime ntụgharị.

**Tebul nke Atọ**

**Ajụjụ Nchọcha Nke Atọ:** Kedụ etu akpaalaokwu si bụrụ nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo n'ogo Siniọ Sekọndịrị dị n'okpuru ọchịchị Igbo-Etiti?

Ọsịsa ụmụakwụkwọ nyere gbasara etu akpaalaokwu si bụrụ nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo n'ogo siniọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị Igbo-Etiti.

| **Ọnụọgụ** | **Ndịna** | **EI** | **E** | **A** | **AI** | **Miin** | **S.D** | **Mkpebi** |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| 10. | Ọtụtụ ndị nkụzị amaghị mpụtara ụfọdụ akpaalaokwu nke mere na ha anaghị akụzị ya nke oma. | 62 | 24 | 50 | 64 | 2.42 | 1.23 | Anabataghị |
| 11. | Ọtutu ndị nkụzị anaghị ama mgbe ha kwesiri iwebata akpaalaokwu na nkụzi ha nke mere na ha na-agwakọrịta ya na nka asụsụ ndị ọzọ. | 62 | 55 | 56 | 27 | 2.76 | 1.04 | Anabatara |
| 12. | Ọtụtụ ndị nkụzi anaghị akọwara ụmụakwụkwọ ihe akpaalaokwu pụtara. | 41 | 46 | 57 | 56 | 2.36 | 1.09 | Anabataghị |
| 13. | Ụmụakwụkwo amaghị | 54 | 72 | 44 | 30 | 2.75 | 1.02 | Anabatara |

| | | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| | mpụtara akpaalaokwu n’asụsụ Igbo. | | | | | | | |
| 14. | Ụmụakwụkwọ amaghị mpụtara akpaalaokwu na Bekee. | 44 | 77 | 44 | 35 | 2.65 | 1.01 | Anabatara |
| 15. | Ụmụakwụkwọ na-ahụta akpaalaokwu dịka ihe adịghị mfe ịmụta nke mere na ha anaghị etinye uche n’ịmụ ya. | 81 | 64 | 21 | 34 | 2.96 | 1.09 | Anabatara |
| | **Mkpokotaọnụ Miin** | | | | | 2.7 | | |

Site n’ihe ngosi dị na tebul nke atọ, n’ime ndịna ya dị isii, anọ nwere miin gafere 2.5. Nke a na-egosi na etu akpalaokwu si bụrụ nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n’ime ntụgharị n’asụsụ Igbo n’ogo Siniọ Sekọndịrị dị n’okpuru ọchịchị Igbo-Etiti bụ na ọtụtụ ndị nkụzi anaghị ama mgbe ha kwesiri iwebata akpaalaokwu na nkụzi ha nke mere na ha na-agwakọrịta ya na nka asụsụ ndị ọzọ, ụmụakwụkwọ amaghị mpụtara akpaalaokwu na Bekee nakwa ụmụakwụkwọ na-ahụta akpaalaokwu dịka ihe adịghị mfe ịmụta nke mere na ha anaghị etinye uche n’ịmụ ya.

**Tebul Anọ**

**Ajụjụ Nchọcha nke Anọ:** Kedu etu usoro okwu si bụrụ nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n’ime ntụgharị n’ogo Siniọ Sekọndịrị n’okpuru ọchịchị Igbo-Etiti?

Ọsịsa ụmụakwụkwọ nyere gbasara etu usorookwu si bụrụ nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo n'ogo siniọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị Igbo-Etiti.

| **Ọnụọgụ** | **Ndịna** | **EI** | **E** | **A** | **AI** | **Miin** | **S.D** | **Mkpebi** |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| 16. | Ọtụtụ ndị nkụzị aghọtaghị mpụtara usorokwu Igbo nke mere na ha enweghị ike ịkụzi ụmụaka ime ntụgharị si na asụsụ Igbo gaa n'asụsụ Bekee. | 74 | 25 | 24 | 77 | 2.48 | 1.33 | Anabatara |
| 17. | Ọtụtụ ndị nkụzị anaghị akụzi usorookwu Igbo nke ọma nke butere ihe nhiaahụ ụmụaka na-enwe n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo. | 65 | 43 | 34 | 58 | 2.58 | 1.22 | Anabatara |
| 18. | Ụmụakwụkwọ aghọtaghị mpụtara usorookwu Igbo | 92 | 46 | 28 | 34 | 2.98 | 1.13 | Anabatara |
| 19. | Ọtụtụ ndị nkụzị amaghị iwu usorookwu | 62 | 34 | 47 | 57 | 2.51 | 1.2 | Anabatara |

| | | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| | n'asụsụ Igbo. | | | | | | | |
| 20. | Ọtụtụ ụmụakwụkwọ amaghị mpụtara usorookwu n'asụsụ Bekee nke mere na ha amaghị etu ha ga-esi mee ntụgharị si n'asụsụ Igbo gaa n'asụsụ Bekee. | 87 | 44 | 24 | 45 | 2.87 | 1.2 | Anab atara |
| | **Mkpokotaọnụ Miin** | | | | | 2.6 | | |

Site n'ihe ngosi dị na tebul nke anọ, n'ime ndịna ise dị nay a, anọ nwere miin gafere 2.5. Nke a na-egosi na etu usoro okwu si bụrụ nsogbu ụmụakwụkwọ n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo n'ogo Siniọ Sekọndịrị n'okpuru ọchịchị Igbo-Etiti bụ na ọtụtụ ndị nkụzi anaghị akụzi usoro okwu Igbo nke ọma nke butere ihe nhịahụ ụmụakwụkwọ na-eme n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo, ụmụakwụkwọ aghọtaghị mpụtara usoro okwu Igbo, ọtụtụ ndị nkuzi amaghị uru usorookwu n'asụsụ Igbo nakwa ọtụtụ ụmụakwụkwọ amaghị mpụtara usorookwu n'asụsụ Bekee nke mere na ha amaghị etu ha ga-esi mee ntụgharị si n'asụsụ Igbo gaa n'asụsụ Bekee.

**Nkata N'ihe A Chọpụtara**

**Ajụjụ Nchọcha nke Mbụ**

**Ka olundị ndị nkụzi ji akụzi asụsụ Igbo si bụrụ nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo n'ogo Siniọ Sekọndịrị n'okpuru ọchịchị Igbo-Etiti na steeti Enugwu**

Nchọpụta e nwetara site n'ụsa ntụcha ngwa mmụta o mere n'ebe a nke gbadoro ụkwụ n'olundi ndị nkụzi ji akụzi asụsụ Igbo. E

gosiri nke a na tebul nke mbụ ebe ndị e jiri mee nchọcha dị narị abụọ bụ ndị nọchitere anya ndị ọzọ gosiri na olundị nkụzi ji akụzị asụsụ Igbo bụ otu n’ime nsogbu ụmụ akwụkwọ na-enwe n’ime ntụgharị n’asụsụ Igbo n’ogo Siniọ Sekọndịrị. Ha gosikwara na ọtụtụ ndị nkụzi amaghị asụ Igbo izugbe nke mere ha ji ewebata asụsụ Bekee na nkuzi ha, nke a nwekwara miin 3.4. Ọzọ, ụmụakwụkwọ na-aghọta olundị Igbo-Etiti karịa Igbo Izugbe bụkwanu nke nwere miin 3.24. Na tebul mbụ a, ha gosikwara na ọtụtụ ndị nkụzi na-agwakọrịta olundị Igbo-Etiti na Igbo izugbe, nke a mere miin 3.29.

Nchọpụta a dabara n’echiche Nwode na Nweze (2015) nke ha sịrị na olundi na-emetụta nkụzi na ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo tụmadị mgbe a na-eme ntụgharị ma ọ bụrụ na e webata ya.

**Ajụjụ Nchọcha Nke Abụọ**

**Etu mkpụrụokwu si bụrụ nsogbu ụmụ akwụkwọ na-enwe n’ime ntụgharị n’asụsụ Igbo n’ogo Siniọ Sekọndịrị dị n’okpuru ọchịchị Igbo-Etiti**

Dịka o siri metụta mkpụrụokwu e ji akụziri ụmụakwụkwọ ihe n’asụsụ Igbo, ndị nchọcha gosipụtara ọsịsa ụmụakwụkwọ na tebul nke abụọ. Ụmụakwụkwọ kwenyere na mkpụrụokwu bụ otu n’ime nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n’ime ntụgharị n’asụsụ Igbo n’ogo Siniọ Sekọndịrị dị n’okpuru ọchịchị Igbo-Etiti. Ha gosipụtara nke a site n’ikwenye na ụmụakwụkwọ na-aghọta mkpụrụokwu Igbo-Etiti karịa nke Igbo Izugbe nke mere ha ji ewere ha eme ntụgharị n’asụsụ Igbo, nke a nwere miin 3.03.

Ha gosipụtakwara na ọtụtụ ndị nkụzi na-agwakọrịta mkpụrụokwu Igbo Izugbe na nke olundị Igbo-Etiti iji kuziere ụmụakwụkwọ ihe ọmụmụ asụsụ Igbo. Ụmụakwụkwọ gosikwara na ụmụakwụkwọ ji mkpụrụokwu Igbo-Etiti anọchite anya mkpụrụokwu Igbo izugbe n’ime ntụgharị. Nke a nwekwara miin 2.56.

**Ajụjụ Nchọcha Nke Atọ**

**Ka Akpaalaokwu si bụrụ nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n’ime ntụgharị n’asụsụ Igbo n’ogo Siniọ Sekọndịrị dị n’okpuru ọchịchị Igbo-Etiti**

Nchọpụta e nwetara na tebul nke atọ na-egosi na akpaalaokwu bụ otu n'ime nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo n'ogo Siniọ Sekọndịrị dị n'okpuru ọchịchị Igbo-Etiti. Nke a gosiri onwe ya site n'ọsịsa ụmụakwụkwọ nyere nke na-egosi na ọtụtụ ndị nkụzi anaghị ama mgbe ha kwesiri iwebata akpaalaokwu na nkụzi ha nke mere na ha na-agwakọrịta ya na nka asụsụ ndị ọzọ

Nke a nwere miin 2.7. Ha gosikwara na ụmụakwụkwọ amaghị mpụtara akpaalaokwu n'asụsụ Igbo nke nwere miin 2.75. Ụmụakwụkwọ amaghị mpụtara akpaalaokwu n'asụsụ Igbo nke nwere miin 2.75. Ụmụakwụkwọ gosikwara na ụmụakwụkwọ amaghị mpụtara akpaalaokwu na Bekee. Nke a nwere miin 2.65. Ọzọ, ha gosikwara na ụmụakwụkwọ na-ahụta akpaalaokwu dịka ihe adịghị mfe ịmụta nke mere na ha anaghị etinye uche n'ịmụ ya. Miin nke a bụ 2.96. Nchọpụta a dabara na echiche Eze (2012) nke kọwara na mgbe ọbụla e nyere ụmụakwụkwọ ederede, ọ na-ahịa ha ahụ inweta ụdị okwu ha ga-eji nọchite anya okwuntabire, agwụgwa maọbụ akpaalaokwu n'asụsụ nnataozi.

**Ajụjụ Nchọcha nke Anọ**

**Etu usorookwu si bụrụ nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo n'ogo Siniọ Sekọndịrị dị n'okpuru ọchịchị Igbo-Etiti**

Site n'ihe e nyochara na tebul nke anọ, a chọpụtara na usorookwu bụ otu n'ime nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo n'ogo Siniọ Sekọndịrị dị n'okpuru ọchịchị Igbo-Etiti. Nke a ka ụmụakwụkwọ gosipụtara site n'ọsịsa ha nyere banyere etu usorookwu si bụrụ nsogbu ha na-enwe n'ime ntụgharị n'okpuru ọchịchị Igbo-Etiti. Dịka ha siri gosi, ọtụtụ ndị nkụzi anaghị akụzi usorookwu Igbo nke ọma nke butere ihe nhiahụ ụmụaka na-enwe n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo. Akara miin nke a bụ 2.58. Ha kwenyekwara na ụmụakwụkwọ aghọtaghị mpụtara usorookwu Igbo. Nke a nwere miin 2.98. Ụmụakwụkwọ gosikwara na ọtụtụ ndị nkụzi amaghị iwu usorookwu n'asụsụ Igbo. Akara miin nke a bụ 2.51. N'ikpeazụ, ha kwenyere na ọtụtụ ụmụ akwụkwọ amaghị mpụtara usorookwu n'asụsụ Bekee nke mere na ha amaghị etu ha ga-esi mee

ntụgharị n'asụsụ Igbo gaa n'asụsụ Bekee. Nke a nwekwara akara miin 2.88.

**Mkpokọta**

Nchọpụta nchọcha gosiri na nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'ogo Siniọ Sekọndịrị dị n'okpuru ọchịchị Igbo-Etiti nke steeti Enugwu bụ:

- Olundị ndi nkụzi ji akụzi asụsụ Igbo
- Mkpụrụokwu Igbo-Etiti
- Akpaalaokwu
- Usorookwu

**Ntunye Aro**

Site na nchọpụta nchọcha a, ndị nchọcha tụrụ aro ndị a:

- Gọọmenti ga-agba mbọ hụ na ndị nkụzi ha na-ewe n'ọrụ bụ ndị nkụzi mara maka asụsụ Igbo nke ọma, nke a ga-eme ka nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị belata. Ndị nne na nna ga-agbakwa mbọ hụ na ha na-asụrụ ụmụ asụsụ Igbo n'ụlọ ha dị iche iche nke ga-eme ka ha new mmasị n'ebe asụsụ Igbo nọ ma tinye uche ha n'ịmụ ya.
- Ndị nkụzi ga na-enye ụmụakwụkwọ ihe omume na ntụgharị iji mata ọnọdụ ha n'ihe gbasara ntụgharị ma gbaziere ha ebe o kwesiri.
- N'ikpeazụ, gọọmenti kwesiri ịdị na-achịkọbara ndị nkụzi ọgbakọ kwa mgbe kwa mgbe ebe ha gana-amụ maka ihe ọhụrụ ga na-apụta ihe gbasara amụmamụ asụsụ Igbo nke ga-enyere ha aka ịkụzi asụsụ Igbo nke ọma ọ kachasị n'ime ntụgharị.

**Nchịkọta Nchọcha**

Nchọpụta nchọcha a gosiri n'izugbe na ụmụakwụkwọ na-enwe nsogbu dị iche iche n'ime ntụgharị nke mere na ha anaghị emecha nke ọma n'ule dị iche iche. Nke a mere o ji dị mkpa na ndị nkụzi ga-agba mbọ kụziere ụmụakwụkwọ nka ime ntụgharị nke ga-enye aka belata nsogbu ha na-enwe na ntụgharị.

**Edensịbia**


Agbedo, C.U. (2003). *General Linguistics: An Introductory Reader.* Enugu: Magnet Business Enterprises.

Anagbogu, P.N. et al (2010). *Introduction to Linguistics* (3rd ed.). Anambra: Amaka Dreams Limited.

Anozie, C.C. (2001). *Ntọala Asụsụ Igbo na Edemede*. Enugu: Amazing Grace Printing and Publishers.

Anọzie, C.C. (2007). *Ntọala Asụsụ Igbo na Edemede.* Enugu: Amazing Grace Printing and Printing Company.

Bassnett, S. (2008). *Translation studies.* USA: Routledge.

Chomsky, N. (1959). *Review of B.F. Skinner Verbal Behaviour language*. The Hague: mouton 35, 26, 26.

Eze, C.I. (2012). Nsogbu Ụmụakwụkwọ na-enwe n'ịza ajụjụ ntụgharị Igbo n'ule WAEC na NECO. Ngalaba mmụta Nkụzi Nkamma nke Mahadum Naịjirịa dị na Nsụka.

Federal Republic of Nigeria (2004). *National Policy on Education*. Lagos: NERDC Press.

Mbah, B.M., et al (2013). *Igbo Adị: Igbo-English-English-Igbo Dictionary of Linguistics & Literary Terms.* Enugu: University of Nigeria Press Limited.

Nida, E. (2001). *Contents in translating*. Amsterdam: John Beijamini Publishing Company.

Nwike, C.C. (2015). Usoro na Nsogbu a na-enwe na Ntụgharị Iduazi: Chike and the River dịka ebe mgbakwasị ụkwụ. Ngalaba Lingwistik, Igbo na Asụsụ Naịjirịa ndị ọzọ. Fakọlti Aati, Mahadum Naịjirịa, Nsụka.

Nwode, P.C & Nweze, O.C (2015). *Nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ide edemede Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị dị n'okpuru ọchịchi Ezza north nke Steeti Ebonyi*. Ngalaba mmụta nka Mahadum nke Naijirịa, Nsụka.

Nworgu, B.G. (2016). *Educational Research:* Basic issues and Methodology. Enugu: University Trust Publishers.

Oformata, C.E (2013). *Ndezu Ụtọasụsụ Igbo: Nke ndị Sekọndịrị*. Enugu: Format Publishers (Nig) Ltd.

Okonkwo, O.C. (2010). *Ntụgharị na nsogbu ntụgharị n'asụsụ Igbo.* Edemede a gụpụtara n'ogbakọ ISA (Igbo studies Assocaition). University of Nigeria, Nsukak. 12-15 October.

Robinson (2007). *Becoming a translator:* An introduction to the theory and practice of translation. London: Routledge.

Schaffner, C. (2007). Politics in translation. In P. Kuhiwezak, and K. Littau (Eds), *A Companion to translation* (pp. 134-147). UK: Multilingual Matters Ltd.

Skinner, B.F. (1957). *Verbal behavior*. New York: Appleton.

The West African Eụaminations Council (2006). Chief Eụaminers' Reports – Nigeria. Lagos: WAEC.

The West African Eụaminations Council (2017). Chief Eụaminers' Reports Nigeria. Lagos: WAEC.

Ugwu, C.N. na Onyishi, A.N. (2016). *Nsogbu ụmụ Akwụkwọ Sekọndịri na-enwe n'ịtụghrị ederede Bekee Gaa n'asụsu Igbo n'okpuru ọchịchị Igbo Eze Sawụtụ nke Steeti Enugwu:* Ngalaba nke edukeshọn mahadum Naịjirịa, Nsụka.

**Ntule Mbụrụ Metutara Ajọ Ndụ Gbasara Ịgba Akwụna Na Nsirihụ Ndị Igbo**

**Ezemọka, Augustina Ekwy[1]**
**Igbo department**
**Fct college of education, zuba-abuja**
**&**
***Ahamefula, Ndubuisi Ogbonna[2]**
**Department of Linguistics, Igbo & Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka**
**&**
**Eze, Maudline Adaora[3]**
**Department of Linguistics and Literary Studies**
**Ebonyi State University, Abakaliki, Ebonyi State**

**&**
**Okoye, Chinenye Loyce**
**Department of Languages and Linguistics/Chinese Studies**
**Nnamdi Azikiwe University, Awka, Anambra State.**

*corressponding author email: ndubuisi.ahamefula@unn.edu.ng

Ụmịedemede

Nchọcha a lebara anya na mbụrụ metụtara ajọ ndụ gbasara akwụna. Mbunuche ndịchọcha bụ ịchọpụta mbụrụ dị iche iche metụtara ajọ ndụ gbasara ịgba akwụna, ya na nsirihụ ndị Igbo gbasara ya. A gbakwara mbọ nyochaa mbụrụ ndị ahụ a chọpụtara iji chọpụta ihe ntụnyere ndị ahụ e jiri gosipụta nghọta nụrụnuche. ndịchọcha lebakwara anya ịkọpụta udịrị mbụrụ nke mbụrụ ndị ahụ dabara n’ime. Atụtụ ndịchọcha gbadoro ụkwụ mee nchọcha yabụ atụtụ njirimee. Usoro a gbasoro were nweta data ụfọdụ ndị ahụ bụ site n’ajụjụ ọnụ a gbara ụfọdụ okenye ndị Igbo bi n’Abuja. ụfọdụ mbụrụ a chọpụtara gbasara ajọ ndụ dịka o si metụta ịgba akwụna bụ ndị a: ịbụ nkita, o ji ike eke, ọkamma n’akwa, ọnọ na di achọ di, ọku elu, ejighi anya ahụ nwoke, ejighị anya ahụ nwaanyị, ịchụ nwaanyị, ụkwụ ịdị n’ama, anya ịdị n’ama, ịtụfu ụkwụ na ọkụ enu. A chọpụtara na ụdịrị mbụrụ ndị ahụ a chọpụtara bụ mbụrụ ngwakọ, mbụrụ ke echiche, ke nnọrọonwe na mbụrụ ke mmepụta. Site na

nchọchacha a, ndịchọcha chọpụtara na ndị Igbo na-eji ọtụtụ ihe nụrụanya were gosipụta nghọta ṅhụrụnuche.N'ikpeazụ,ndịchọcha tụrụ aro ka ndị ọkammụta gbaa mbọ depụta ọtụtụ akwụkwọ na nọwaokwu ndị ga-enye aka maka ndị ga-eme nchọcha n'ihe ọmụmụ a n'ọdịnihu. Atụkwara aro ka ndị ome nchọcha nyochaa ụdịrị ajọ ndụ ndị ọzọ bụ nke ndị Igbo kpọrọ asị.

**Mkpọlite**

Amụmamụ ncheke na-esite n'ihe nhụrụanya na gburugburu gosipụta ihe e bu n'uche. Mbụrụ nwere nsara uche n'amụmaamụ ncheke n'ihi na a na-esi na ya aghọta maọbụ tapịa ahịrịokwu. Ndị Igbo bụ ndị nwere nsọ na omenala. O nwere ọtụtụ ihe bụ ndị nke ha na-arọ anya ma a na-elegakwara anya dịka ajọ akparameagwa. Ha na-eji ihu gbarụrụ agbarụ na obi jupụtara n'iwe na-ele onye na-ebi ajọ ndụ ọ kachasị onye na-agba akwụna. Ndị Igbo dịka ndị nwere omenala na nsọ mmadụ ekwesịghị ibi ndụ etu ọbụla masịrịị ya. ọtụtụ ndị Igbo anaghị ekwe ka ha na onye na-agba akwụna na-emekọ ihe. N'ihe gbasara isiokwu a, o nweela ọtụtụ ihe ndị ome nchọcha ụfọdụ merela gbasara 'ajọ ndụ'. A chọpụtara na o nwere ụdị ndụ ndị mmadụ na-ebi bụ nke ndị mmadụ weere dịka ndụ adịghị mma dịka mmadụ ịgba akwụna. ọtụtụ ndị mmadụ emeela nchọcha gbasara ịgba akwụna na a kọwa ọtụtụ ihe gbasara ya mana o nwebeghị ihe e meerela na ya dịka o si metụta amụmamụ ncheke.

Na nchọcha nke Gungul na Audu (2014) mere gbasara ịgba akwụna dịka ajọ ndụ na Naịjirịa na ihe ndị so ya, ha chọpụtara na ịgba akwụna bụ nke ọtụtụ ndị mmadụ na-eme maka inweta ihe onyinye dị iche iche. Ha chọpụtakwara na ọ na-eme ka ịbagide mmadụ n'ike maka mmekọ nwoke na nwaanyị belata. Ha kọwara na ịgba akwụna na-emechu obodo ihu. N'aka nke ọzọ, Iherue (2011) mere nchọcha gbasara ihe na-ebute ajọ akparamagwa n'ala Igbo bụ nke ịgba akwụna bụ otu n'ime ha. ọ chọpụtara na o bụrụ mgbe ochie na onye ọbụla e jidere n'ụdị agwa a na onye ahụ bụ onye obodo ga-amapụ ruo mgbe onye ahụ kpụrụ arụ, mana ọ dịzịghị etụ ahụ ugbu a.

Na nchọcha nke Eme, Mbagwụ na Mmadike (2016) mere maka ilu na ofufu nke mbụrụ. Ha chọpụtara na ọ bụ naanị ndị okenye na-eji mbụrụ ezipụta ilu n'oge ugbu a, ya bụ n'ụdị iji ihe nhụrụ anya were tụọ ilu. E mekwaala ọtụtụ nchọcha gbasara mbụrụ mana ọ bụghị n'ụdị ọ siri metụta nzipụta ịgba akwụna.

Ọ bụ n'ihi nke a ka ndị nchọcha jiri hụ na ọ dị mpka ime nchọcha n'isi okwu a ma ịchọpụta mbụrụ ndị ahụ metụtara ajọ ndụ gbasara ịgba akwụna. Ndịnchọcha ga achọpụta etu ndị Igbo si eji nsara echiche were ihe nhụrụanya mee ka a ghọta ihe nhụrụnuche gbasara ajọ agwa gbasara ibi ndụ akwụna. A ga-agbakwa mbọ chọpụta ụdịrị mbụrụ ịgba akwụna dabara na ya.

## Ntụlegharị Agụmagụ
## Nkọwa Okwu Njirimee

### Ajọ Ndụ

Ndị Igbo anaghị eji ezigbo anya ele onye na-enupu isi maọbụ onye agwa ya anaghị adaba dịka o si metụta usoro obibi ndụ ndị Igbo. Ajọ ndụ dịka Anọzie (2003) kọwara bụ mmadụ ime ihe ndị ahụ adabaghị n'usoro nke obibi ndụ obodo ọ nọ n'ime ya. Ndị Igbo anaghị ekwe ka ha na onye na-ebi ajọ ndụ na-emekọ ihe. Nke a pụtara na a ne-eze onye na-ebi ajọ ndụ eze dịka omenela Igbo sịrị dị. Ndị Igbo na-ahụta onye na-ebi ajọ ndụ dịka onye merụrụ ala n'ihi na dịka Olisa (1972) siri kwuo, ọ sịriị na ihe ndị Igbo weere dịka ihe ha na-atụ ụjọmaka ụdi obibi ndụ ha bụ 'ala' maọbụ 'chi' ha na-efe. ọ kọwakwara na ataramahụhụ na-adịrị onye merụrụ ala maọbụ onye mere ihe ọjọọ. Olisa gara n'ihu kọwaa na mgbe ụfọdụ, ndị Igbo na–ata onye ahụ ahụhụ iji gosi na ha akwadoghị ihe onye ahụ na-eme. Oge ụfọdụ a na-eji njakịrị maọbụ atụmatụokwu eme ka onye ahụ mata na agwa ya adịghị mma.

Ụfọdụ agwa maọbụ ụdịrị ndụ ndi Igbo na-ahụta dịka ajụ ndụ dịka Anọzie (2003) kọwara bụ, ịkwụ ụdọ, ịgba akwụna, ite ime, izu ohi, ịtọ mmadụ, ịgba asịrị, ịtụ asị, ịnụbiga mmanya oke, ite ime, igbu mmadụ, ikwo ekworo, na otụtụ ndị ọzọ bụ agwa ndị Igbo na-ahụta dịka imerụ ala.

Nchọpụta na-akọwa maka ajọ ndụ nke ụfọdụ ndị mmadụ deerela maka ya bụ nke nyere aka maka nchọcha a, mana ndịnchọcha hụrụ ajọ ndụ dịka agwa mmadụ na-akpa bụ nke megidere odịnaala, okpukpe na ụzọ obibi ndụ nke obodo onye ahụ nọ n'ime ya. N'ịga n'ihu, na ajọ agwa maọbụ omume a bụ nke onye ahụ anaghịzị ezo ezo.

**Igba Akwụna**

{gba akwụna bụ nke Alobo na Ndifon (2014) kọwara dịka agwa nke metụtara mmekọ nwoke na nwaanyị. Ha kọwara na nke a na-apụta ihe mgbe nwoke na nwaanyị abụghị di na nwunye na-enwe ụdị mmekọ a ọ kacha n'ụzọ iji nweta ego maọbu inweta ihe onyinye dị iche iche.

Nwangama (2005) n'aka nke ya kọwara ịgba akwụna dịka mmadụ iji ahụ ya gbaa mgbere maka inweta ego maọbụ ihe onyinye ndị ọzọ n'ụdị mmekọ nke anụ ahụ bụ nke nwere ike ịdị n'etiti nwoke na nwaanyị abụghị dị na nwunye. O kwukwara na ụdị mmekọ a nwere ike ịbụ n'etiti nwaanyị na nwaanyị maọbụ nwoke na ibe ya.Alobo and Ndifon (2014) gara n'ihu kọwaa na ụfọdụ ihe na-ebute ịgba akwụna bụ ihe ndị a: nne na nna ileghara ụmụ ha anya, anya ukwu, ogbenye, ndị na-achọ ka ha gbaga oyibo n'ike, ngana, ụkọ ọrụ, dg.

Kempada na Doezema (1998) gakwara n'ihu kọwaa na mgbe ụfọdụ ihe akwụna na- eweta bụ ịmụ nwa aghara aghara, ibute ajọ ọrịa dị iche iche dịka ọrịa obiri n'aja ọcha na ọrịa mmịnwụ na ọtụtụ ndị ọzọ. Nkọwa niile ndị ọkammụta a mere banyere akwụna dị ezigbo mkpa ime ka akọwa banyere ịgba akwụna pụta ihe. Mana ndịchọcha na-akọwa igba akwụna dịka mmadụ iji onwe ya gbaa mgbere n'ụdi mmekọ nwoke na nwaanyị abụghị di na nwunye maka inweta ihe onyinye ndị agaghị abara ha uru n'ọdịnihu.

**Mbụrụ**

Mbụrụ dịka Crystal (2008) siri kọwaa bụ atụtụ nke metụtara ncheke nghọtaokwu bụ nke na- eji otu ihe egosi nghọta dị n'okwu maọbụ ihe ọzọ. ọ gara n'ihu kọwaa na mbụrụ nwere ike ime ka e si na nghọta otu ihe banye na nghota ihe ozo. Lakoff na Johnson (1980) kọwara sị na mbụrụ na-egosi etu mmadụ si eche echiche, ya na etu mmadụ si ahụta otu ihe dịka ihe ọzọ. Ọ gakwara n'ihu kọwaa na mbụrụ na-egosi etu mmadụ si akọwa ihe gbasara ụwa na akparamagwa mmadụ.

Mbah na ndị ọzọ (2013) kọwara mbụrụ dịka atụmatụokwu e nwere n'asụsụ bụ nke e ji ekwu okwu n'ụzọ mkpuke. Ha gara n'ihu kọwaa na iji mbụrụ kwuo okwu maọbụ gwa mmadụ okwu na-eme

ka ihe a na-ekwu ghara ibutere mmadụ na ibe ya esemokwu maọbụ tinye onye kwuru okwu na nsogbu. Eme, Mbagwụ na Mmadike (2016) kwuru na mbụrụ bụ nghọta okwu nke na-arụtụ aka n'ihe abụọ yiri onwe ha. Na nkọwa, ha na-egosi na a na-esi na nghọta otu ihe nweta nghọta ihe ọzọ. Nke a bụ iji kwado ihe Lakoff (1987) kwuru. Ọ kọwara na e nwere ụzọ echiche abụọ bụ nke mbụrụ na-enye. Otu nghọta na-egosi echiche nsinebe, ebe nke ọzọ na-egosi echiche nchụta. Ha gara n'ihu kọwaa na echiche nsinebe ne-egosi ihe nhụrụ anya bụ nke a na-esi na ya enweta echiche nchụta bụ nke ne-egosipụta nghọta nhụrụnuche.

N'aka nke ọzọ, Ezeomeke (2004) kwuru na mbụrụ na myiri yitere onwe ha, mana naanị ebe ha nọrọ dị iche bụ na mbụrụ na-ekwu na otu ihe bụ ihe ọzọ, ebe myiri na-akọwa na otu ihe dika nke ọzọ. N'ezie ọtụtụ ndị mmadụ enyela nkọwa gbasara mbụrụ, mana ndịchọcha n'aka nke ha na-ahụ mbụrụ dịka atụmatụ okwu ndị ahụ a na e ji mkpụrụokwu maọbụ nkebiahịrị ezipụta ihe maọbụ agwa iji mee ka nghọtanhụrụnuche bụrụ nke a gbara n'anwu. Mbụrụ dịka nghọta yi siri dị n'ihe ọmụmụ ncheke asụsụ bụ maka imepụta okwu ọhụrụ na echiche dị na ya. O nwekwara ike bụrụ okwu ga-agbatịwanye nghọta dị n'okwu ụfọdụ.

**Ụdị Mbụrụ dị iche iche**

Richard (2018) chọpụtara na e nwere ọtụtụ mbụrụ dị iche iche. O kwuru na nke ọbụla n'ime ha nwere njirimara ha. Udịdị mbụrụ ndị ahụ bụ ndị a:

**Mbụrụ Nnọrọonwe**

ụdi mbụrụ a bụ nke a na-ahụ mgbe ọ na-ahịa ahụ ịchọpụta ihe nke e jiri mado na nwanne ya iji mepụta nghọta nhụrụnuche.

**Mbụrụ Mgbagwo**

Nke a bụ ụdị mbụrụ nke a na-enweta nghọta nkịtị ya site n'iwebata ọtụtụ ihe nsinebe.

**Mbụrụ ke Echiche**

Ụdịrị mbụrụ a bụ nke a na-esi na nghọta otu ihe nweta nghọta ihe ọzọ.

**Mbụrụ Ke Mmepụta**

Nke a bụ ụdịrị mbụrụ nke agbaghị onwe ya n'anwụ dịka atụmatụ okwu.

**Mbụrụ nwụrụ Anwụ**

Ụdịrị mbụrụ a bụ ụdị atụmatụụokwu nke e jizighị arụ ọrụ maọbụ nke anaghịzi enye ezigbo nghọta maọbụ echiche n'ihi na oteela aka e ji ya rụọ ọrụ

**Mbụrụ Kemgbatị**

Ụdị mbụrụ a na-apụta ihe mgbe e ji ihe abuo eyighị onwe ha were atụnyere ibe ya n'ime ahịrịokwu ufọdụ dị na nkeji edemede maọbụ n'ọgbara abụ ụfọdụ.

**Mbụrụ Ngwakọ**

Ụdịrị mbụrụ a bụ nke ihe nsinebe na nke nchụta ya anaghị enwe myitere ma ncha.

**Ké Nsipụta**

Mbụrụ dị e tua bụ nke na-enye mmadụ nghọta n'ihe gbasara ụwa na ntapịa ihe bụ eziokwu n'ụwa

**Mbụrụ Ke Ndịnime**

Ụdị mbụrụ a bụ ụdịrị nk nsinebe ya na nsinebe ya anaghị agba onwe ha n'anwụ, kama a na-esi na nghọta otu n'ime ha enweta nghọta nke ọzọ. Nghọta otu n'ime ha anaghị apụta ihe nke ọma.

**Mbụrụ Nhụrụanya**

Mbụrụ a bụ ụdịrị nke a na-eji ihe eserese were nọchie anya mmadụ, anụmanụ, ebe maọbụ ihe; mana ihe eserese ahụ bụ nke a tụrụ anya na ọ ga-enwe ihe a ga-arụtụ aka bụ ebe o yiri ihe ahụ ọ na-anọchi anya ya.

**Ntụleghari̩ Atụtụ**

Nwanchọcha tụlere atụtụ ncheke ụfọdụ iji chọpụta atụtụ nke kacha mma, bụ nke nchọcha a ga-agbado ụkwụ na ya, ụfọdụ atụtụ ndị ahụ gụnyere ndị a:

**Atụtụ Nsinụbụrụ (Mbumpụtaụwa)**

Ndị tụpụtara atụtụ a dịka Mbah (2018) siri kwuo bụ Zellig Haris, L. Pavlov, Leonard Bloomfield na ndị ọzọ n'afọ 1951. Ndị otu a kọwara na asụsụ abụghị ebumpụta ụwa na o nweghị ihe dị n'okpokoro isi mmadụ tupu a mụọ ya. Ha kwenyere na ka nwata ahụ na-eto, ọ na-enweta ntụzi ake asụsụ site n'ihe ndị ọ na-eṅomi na gburugburu ya. ọ bụ ụzọ dị etu a ke o si amụta asụsụ. Ndị tụpụtara atụtụ a kọwara na nwatakịrị na-amụta asụsụ site na njali na kwunkwugha nke sitere n'aka ndị mụrụ ya na ndị na-eku ya. Ndị otu a hụrụ amụmamụ asụsụ dịka njali na nzaghachi bụ nke nwata na-eme mgbe a kpaliri umere maọbụ umezi ya. Ndị otu atụtụ nsinibụrụ a kọwara na a na-eme ka nwata gbalịa kwugharịa mgbe o nwetaghị ihe a chọrọ ka o kwuo. Ha kọwara na-echiche ihe ọbụla nwere bụ enyo ihe ahụ na-akpalite n'echiche mmadụ mgbe ọbụla a kpọrọ ihe ahụ aha.

Atụtụ a bara uru n'ihi na ọ na-enye aka ịkọwapụta ihe gbasara mkpọaha na ihe n'ihe a na-ahụ anya, nke a bụ maka na mgbe a kpọrọ ihe ahụ aha enyo ya ga-abia onye ahụ n'uche. Atụtụ a rikwara mperi n'ihi na ọ bụghị ihe niile a kpọrọ aha nwere enyo uche nke mmadụ mwere ike ịghọta. Ọzọ, mmadụ abụọ maọbụ karịa anaghị enwe otu enyo nghọta gbasara otu ihe.

**Atụtụ nsinagburugburu**

Dịka Mbah (2018) si kwuo, atụtụ nsinagburugburu bụ nke Noam Chomsky na Zellig Haris tụpụtara. Ọ gbaghara atụtụ nke nsinubụrụ. Ọ kọwara na nwata ọbụla a mụrụ na-ebu ngwa mmụta asụsụ apụta ụwa.  Chomsky kọwara na nwata ọbụla, na-agbanyeghi ebe a mụrụ ya maọbụ ndị nọ ya gbugburu na amụta asụsụ ma kwuo okwu n'ihi akụkụ ụbụrụ ya bụ nke chineke kere maka isụ asụsụ. Chomisky kpebiri na e nwere enyo n'ụbụrụ isi mmadụ bụ nke e ji ahụta asụsụ maọbụ amụta ya na-agbanyeghị ma a kụziri onye ahụ maọbụ na a kụzighị ya.

Usoro ọmụmụ asụsụ atụtụ a na-agbaso bụ usoro kwunkwukwa nke bụ usoro njali na nzaghachi. Ndị otu atụtụ a kọwara na njali na nzaghachi na aha nhata nha. Atụtụ a bara uru n'ihi na a na-esi na ya amata ihe dị n'zbụrụ mmadụ. N'aka nke ọzọ, atụtụ a riri mperi dịka ndị ọka mmụta siri kwuo n'ihi na o nweghị mgbe usoro izugbe omume ihe na ọsịsa ya ga-esi gaa ihu na ihu. Ndị mmadụ katọrọ atụtụ a n'ihi na ọ kọwaghị ihe mere ụmụaka niile ji amụta asụsụ n'otu oge na-agbanyeghị n'ebe a mụrụ ha maọbụ asụsụ a mụnyere ha na ya.

**Atụtụ Ndịna Ncheke**

Atụtụ a bụ nke Lakoff na Johnson tụputara n'afọ 1980. Ndị otu a tụpụtara atụtụ a iji mezie mgbagharị anya bụ nke dapụtara n'etiti ndị atụtụ nsinụbụrụ na ndị nke nsinagburugburu. Ha gara n'ihu kọwaa na tupu a mata echiche okwu ọbụla, na a gaghị elefere ọrụ ụbụrụ na gburugburu anya. Ha na-akọwa na nsirinhụ ndị otu abụọ a dịcha mkpa n'ọmụmụ na nghọta asụsụ. Lakoff na ndị otu ya kọwara na ngwa ịmụta asụsụ bụ nke mmadụ buru pụta ụwa bụ nke ga-enyere ya ake ịmụta na ịghọta asụsụ mgbe ihe dị na gburugburu ya kpaliri ya.

Lakoff na ndị otu ya tụrụ atụmatụ atọ gbasara etu asụsụ si arụ ọrụ. Ha bụ ndị a: nke mbụ bụ ịchọpụta ihe bụ eziokwu n'ekwumekwu. Ha kwuru na a na-achọpụta nke a site n'ịchọpụta ma isiokwu dị n'ahịrịokwu ọ bụ nke dị n'ọnọdụ e jiri kwuo ya. ọzọ bụ ịchọpụta ma echiche okwu ọ bụ ihe ahụ a na-ahụ anya. Nke ọzọ

abụrụ nke ịhụta eziokwu izugbe. Iwu nke a na-ekwu na onye ọbụla nwere etu o si amata ihe bụ eziokwu n'ụbụbọ.

Ọ bụ ihe ndị a mere ha jiri kpebie na ngwa ịmụta asụsụ dị nnukwu mkpa n'ụbụrụ mmadụ maka iji nabata ihe a kụziri ya ọkachasi mgbe ihe dị na gburughuru ya kpaliri ngwa mmụta ya.

**Atụtụ Njirimee**

Atụtụ ncheke ọzọ pụtara ihe bụ atụtụ njirimee. Ndị tụpụtara ya bụ Ludwig Wittgenstein na Paul Horwish. Dịka Umezi (2017) siri kọwaa, o kwuru na o nwere akwụkwọ Wittgewtein dere n'afọ 1953 bu nke ọ kpọrọ *phisophical investigation*. Ọ kọwara na ọ bụ n'ime akwụkwọ ahụ ka Wittgenstein nọrọ tụlee ihe jikọtara owku ọbụla na akụkụ ụwa ebe a nọrọ kwuo ya. Ọ chọpụtara na echiche okwu ọbụla pụtara ihe ndị nwe ya ji ya eme maọbụ ihe ha nwere ike iji ya mee ma ọ bụkwanụ usoro ha nwere ike ịgbaso mgbe ha chọrọ iji ya mee ihe n'asụsụ ha. Udemmadụ (2018) n'aka nke ya kwadokwara atụmatụ a mgbe o kwuru sị na mpụtara okwu ọbụla na-esite etu agbụrụ nwe asụsụ ahụ siri hụ ya.

Umezi (2017) gakwara n'ihu kwuo na Horwish dọnyere atụtụ a ukwu n'ime akwụkwọ ya ọ kpọrọ *Truth*. Umezi kwuru na ọ bụ n'ime akwụkwọ a ka ọ nọrọ kwado atụtụ a mekwuo na ihe dị mkpa n'echiche okwu ọbụla gbadoro ụkwụ n'ihe ndị nwe asụsụ ahụ o di na ya eme. Ọ gara n'ihu kọwaa na ịga nyochawa ma okwu ahụ a bụ eziokwu ma ọ bụghị bụ nke adịghị mkpa.

Uru dị n'atụtụ a dịka Ibeh (2017) siri kọwaa bụ na ọ na-ewepụta echiche na nsirihụ mba dị iche iche. N'ihi uru dị n'atụtụ a, a ka ji ya arụ ọrụ ruo taa. N'agbanyeghị uru nke atụtụ a, ndị ọkammụta kọchara ya. Ha kwuru na ebe ọ bụ na atụtụ a na-egosi na echiche okwu ọbụla bụ ihe ndị nwe ya ji ya eme n'asụsụ ha, atụtụ a enyeghị ohere maka asụsụ abụọ ji otu ihe eme ihe dị iche iche n'otu oge. Ọzọ kwa ha kọchara ya were sị na echiche nwere ọdịdị nnọrọ onwe nke emetụghị ọnọdụ ya n'asụsụ maọbụ n'atụmatụ okwu.

**Atụtụ Emereeme Nsinokwu**

Atụtụ a bụ nke na-akọwa na okwu na-enwe echiche miri emi bụ nke nwere ike izo n'ime ahịrịokwu bụ etu o siri pụta ihe n'asụsụ ọ dị n'ime ya. Atụtụ a kọwakwara n'ike di n'okwu ọnụ mmadụ. Iji kwado atụtụ a, Bach na Harnish (1979) kwuru na atụtụ a nyere ezigbo aka ime ka a mata na ihe dị n'okwu abụghị ihe okwu ahụ na-egosipụta kama na ọ bụ ihe ndị nwe asụsụ okwu ahụ dị n'me ya mere oge e kwuru ya.

Ndị ọkammụta ụfọdụ dịka Udemmadụ na Umezi (2017) ekwechaghị n'atụtụ a n'ihi na ha kọwara n'ụfọdụ oge, agwa nghọta okwu nke okwuu kwuru anaghị adịcha mfe, nke a bụ maka na ịghọta ihe o kwuu na-ekwu na-esi n'ọnọdụ nkata nakwa gburugburu ọ nọ na ya. Ụfọdụ ndị ọkammụta katọrọ atụtụ a n'ihi na ọ nwere iwu dị iche iche na-achị ya. Ha kwuru na ebe iwu dị mkpa bụ n'amụmamụ ụtọasụsụ na usoro ahịrịokwu, mana ọ bụrụ n'amụmanụ ụbụbọ na ọ bụ ntụziaka ka o ji arụ ọrụ**.**

**Atụtụ Nchọcha**

Site na ntụleghar ị nchọcha nke ndịnchọcha mere, ha chọpụtara na ọ dị mkpa ka nchọcha isiokwu a gbado ụkwụ n'atụtụ njirimee n'agbanyeghị ụfọdụ mperi bụ nke ndị ọkammụta asụsụ ụfọdụ kwuru na atụtụ a nwere. Ihe kpatara nwa nchọcha jiri họrọ atụtụ a bụ maka na nchọcha a gbadoro ụkwụ na nkwenye atụtụ njirimee.

Nchọcha a ga-erita elele n'atụtụ njirimee n'ihi na atụtụ a na-akọwa na echiche okwu ọbụla bụ ihe ndị nwe ya ji ya eme n'asụsụ ha. N'ihi nke a, anyi maara ndị Igbo dịka ndị na-ekwu okwu n'ụzọ mkpuke iji mepụta mbunuche ha oge ụfọdụ. Ya mere ha na-eji ọtụtụ ihe ndị nhụrụnanya bụ ndị emetụtaghị ihe ha na-ekwu maka ya were ya gosipụta nhuụrụnechiche ha.

**Ntụleghar ị Ihe E Meerela N'isiokwu**

Ọ bụ ebe a ka nwanchọcha ga-eleba anya ma tụlee ụfọdụ nchọcha ndị mmadụ merela gbasara isiokwu nchọcha ya. ọ bụ nke a ga-enye ya mgbakwasa ụkwụ maka ime ihe nchọcha nke ya. Gungul na Audu (2014) na nchọcha nke ha mere banyere ịgba akwụna na

ihe ọjọọ ọ na-eweta na ndụ mmadụ bụ nke ha mere ka a mata na obodo dị iche iche nwere iwu dị iche iche ha nwere iji megide ịgba akwụna. Ndị nchọcha a chọpuụtara na ọ bụ ezie na ndị na-agba akwụna na-eche na ha na-enweta elele maka ụdị ndụ ha chọrọ ibi nakwa akụ na ụba ha na–enweta na ya mana ajọ agwa a nwere ike ịdọghachi ụmụmwanyị azụ na mbọ ha na-agba n'isonye maka ndọrọ ndọrọ ọchịchị obodo nakwa iketa oke ruuru ha. Ndị nchọcha a tụpatara aro ka ndị ọchịchị gbaa mbọ hụ na ọrụ bụ nke ga-agbara ndị mmadụ kasaa. Ha kwukwara na ọ dị mma ka a na-akụziri ndị mmadụ ihe gbasara mmekọ nwoke na nwanyị ma hapụ ịdị na-ezo ihe gbasara ya ezo.

Nchọcha a bara uru n'ihi na o gosiri na ịgba akwụna bụ agwa ọjọọ ma bụrụ nke ndị mmadụ na-agbarụrụ ihu maka ihe gbasara ya. Nke a gosiri na ọ bụghị naanị ndị Igbo kpọrọ ịgba akwụna asị. Ọ bakwara uru n'ihi na ọ tụpụtara aro ihe a ga-eme iji mee ka ndị mmadụ hapụ ibizi ndụ ịgba akwụna.  Ha kwuru na inye ndị mmadụ ihe ọmụmụ gbasara mmekọ nwoke na nwanyị ya na ime ka ọrụ bụrụ nke ga-eju ebe niile. ọ bụ nke a ga-eme ka uche ha ghara ịgbaga n'ibi ụdị ajọ ndụ ahụ.

Nwangama (2005) na nchọcha nke o mere gbasara ihe bụ njọ na nkwenye na omenala ndị 'Ezza' na ụzọ e si akpụ arụ maka njọ ndị ahụ. ọ chọpụtara ọtụtụ ihe bụ ndị Igbo hụrụ dịka njọ ma kọwapụtakwa ụzọ dị iche iche njọ ndị a si emegide ọdịmma ndị mmadụ. Nwangama tụpụtara aro were kwuo na ndị 'Ezza' na-ahụ njọ na ajọ omume bụ nke ịgba akwụna so n'ime ya dịka 'nsọ anị'. Ya mere na ọ dị mma ka a katọọ ma nye onye merụrụ ala ezigbo ọpịpịa ka iwe Chukwu okike ghara ịdakwasa ha niile. O kwukwara na ọ dị mkpa ka ndị mbịambịa bi n'Ezza na-ebi ezigbo ndụ ghara ime 'nsọ anị' bụ nke megidere usoro obibi ha.

Nwangame tụpụtakwara aro were sị na ọ dị mma ka ndị nne na nna, ndị okenye, ndị otu ogbo na ndị nchekwa obodo bụrụ ndị ga-agba mbọ hụ na ụmụaka na ndị otu ọgbọ na-ebi ezigbo ndụ kwesịrị ekwesị ka ha ghara imebi 'omenana' ha. Nchọcha a bara uru n'ihi na o nyere aka kọwapụta ụfọdụ ihe ndị Ezza kpọrọ njọ bụ nke ịgba akwụna so n'ime ya. ọ gosikwara na ime ajọ ihe bụ nke obodo anaghị anabata ma na-agbarụkwa ihu maka ya.

N'ịga n'ihu, Eme, Mbagwụ na Mmadike (2016), site na nchọcha ha mere banyare ndabere nke ilu na-adabere na mbụrụ, ha kọwara na nghọta ilu nwere bụ nke na-apụta ihe site na nghọta okwu ndị nsinagburugburu bụ nke e ji egosipụta nghọta nhụrụnuche. Ha chọpụtakwara na ọ bụzị naanị ndị okenye na-eji mbụrụ atụ ilu n'oge ugbua, nke mere na mbụrụ bụ ihe na-achọ ifu n'ilu Igbo. Ha tụpụtara aro ka e nwee ndepụta maka mbụrụ Igbo. Nchọcha a bara uru n'ihi na ọ nyere aka kọwaa ihe mbụrụ nwere ike ime nke bụ isi n'ihe nhụrụnanya were nweta nghọta nhụrụnuche.

Site na nchọcha Ibeh (2017) mere maka ntụle ndị metụtara nzuzu na nsirihụ ndị lgbo na ndị Bekee. O jiri atụtụ njirimee were mee nyochaa mbụrụ ndị o nwetara. Ọ pụtara na echiche okwu ọbụla bụ ihe ndị nwe ya ji ya eme n'asụsụ ka ọ bụ. Nchọcha a ga-enye aka na nchọcha nke a n'ihi na nwachọcha jiri atụtụ njirimee were mee nnyocha nke ya.

**Nchịkọta Ntụlegharị Agụmagụ**

N'isi nke a, ndịchọcha tụlere tụlere agụmagụ dị iche ice ndị mmadụ deerela bụ ndị nke metụutara isiokwu nchọcha a. ndịchọcha lebara anya n'okpụrụkpụ okwu ndị e jiri mere isiokwu. Agụgmagụ ndị dị etua bụ ndị nke metụtara ihe ndị mmadụ meerela gbasaraịgba akwụna mbụrụ na ụdị mbụrụ dị iche iche. ndị nchọcha tụlekwara ụfọdụ atụtụ ndi metụtara isiokkwu nchọcha ya. Ebumnuche nwa nchọcha bụ iji chọpụta ihe ndị mmadụ meerela gbasara isiokwu a iji mara ebe ọ ga-awudo ụkwụ.

**Usoro Nchocha**
**Udidi Nchocha**

Nchọcha a bụ nchọcha soveyi. Aga-eleba anya na mbụrụ metụtara ajọ ndụ dịka ọ si metụta ịgba akwụna na ka Igbo siri hụ ya. A ga-agbaso atụtụ njirimee iji were nye nkọwa mbụrụ ndi ahụ maka imejupụta ebumnobi nchọcha a.

**Ngwaọrụ nchọcha**

Ngwaọrụ e ji mee nchọcha a bụ akwụkwọ dị iche iche e dere n'ihe yitere isiokwu nchọcha a ya na ajụjụ ọnụ a gbara ụfọdụ ndị okenye ụmụ nwoke na ụmụ nwaanyị Igbo bi n'Abụja.

**Nkowasị Ngwaọrụ**

N'ebe a ndịnchọcha lebara anya n'ihe bụ ebumnobi nchọcha a nke bụ ịchọpụta mbụrụ metụtara ajọ ndụ gbasara ịgba akwụna na nsirihụ ndị Igbo gbasara ụdị agwa a. Ọ gbakwara mbọ ịchọpụta ụdịrị mbụrụ ndị ahụ a chọpụtara ma gosikwa nyocha ha.

**Mbụrụ metụtara ịgba akwụna na nsirihụ ndị Igbo**

Ịgba akwụna dịka ndịchọcha chọputara so n'otu n'ime ajọ ndụ nke ndị Igbo na-ahụ dịka ime ihe rụrụ arụ maọbụ imerụ ala. Ebe a ndịchọcha kọwapụtara ụfọdụ mbụrụ ndị a na ka ndị Igbo siri hụta ha.

**Ịbụ Nkịta**

Na nghọta nkịtị, a maara nkịta dịka anụmanụ ike anaghị agwụ ọsịsọ, ya na nke ihere anaghị eme n'ihe gbasara mmekọ oke na nwunye. ọ bụ n'ihi nke a mere ndị Igbo na-eji ya atụnyere mmadụ na-ebi ụdị ndụ dị etu ahụ.

**Ọkụ enu**

Ndị Igbo na-eji mbụrụ nke a egosi na mmadụ na-agba akwụna.'ọkụ enu' kwesiri igosi n'ọkụ a ne-ekwu maka ya abụghi nke a na-ezo ezo, na ọ bụ nke nọ n'elu na-achawa ka onye ọbụla hụ ya.  Ọ bụ ụdị ọkụ a ka e ji akọwa etu ụfọdụ si eso nwoke bụ nke abụghị nke zoro ezo.

**Éjìghị anya ahụ nwoke**

Mgbe onye bụ ofeke n'asụsụ Igbo nụrụ maọbụ ụdị mbụrụ a, onye ahụ nwere ike chee na a na-ekechi anya mmadụ ka onye ahụ ghara ịhụ nwoke, mana nghọta okwu a abụghị etu ahụ. Oge ụfọdụ, ọ bụrụ na onye Igbo achọghị ikwu na mmadụ na-ebi ụdị ndụ iso

nwoke o nwere ike iji ụdị mbụrụ a wee kọwaa ụdị ndụ onye ahụ na-ebi nke bụ ịgba akwụna.

**i). Ụkwụ ịdị n'ama**

Na ṅghọta nkịtị, ọ ga-adị ka o nwere ụkwụ mmadụ e bepụrụ wụsa n'ama, mana ezigbo nwaafọ Igbo ga-ama na e ji ihe nhụrụanya ahụ were na-ezipụta na onye a na-agwa maọbụ onye a na-ekwu maka ya na-agba akwụna.

**ii). Anya ịdị n'ilo**

Na mbụrụ nke 4.1.4.i-ii, e ji akụkụ ahụ mmadụ nke bụ anya na ukwu were nọchite anya mmadụ. N'aka nke ọzọ, mkpụrụokwu ndị a: 'n'ama' na 'n'ilo' dịka ọ dị n'ahịrịokwu atọ ndị ahụ na-arụgara ụdị ajọ ndụ onye ahụ na-ebi nke bụ ndụ akwụna. Ya mere mbụrụ atọ ndị a bụ nke ndị Igbo nwere ike iji kọwaa ụdị ajọ nke bụ ịgba akwụna mana e ji akụkụ ahụ mmadụ na ọnọdụ ebe were gosi na onye ahụ na-agba akwụna.

**Ịtụfu ụkwụ**

Dịka anyị maara, mmadụ ekwesighị ịtụfụ ụkwụ bụ nke o ji aga ije. Ndị Igbo na-ejikarị ụdịrị mbụrụ a ekwu okwu mgbe ha chọrọ ikwu maka nwanyị nọ na di mana ọ na-eso nwoke abụghị di ya na-ebi ndụ akwụna. N'ihi nke a onye bụ ofeke n'asụsụ Igbo nwere ike chee na mmadụ tụfuru ụkwụ ya. Mana ọ bụghị otu ahụ, a na-akọwa na onye ahụ na-agba akwụna.

**Ejighị anya ahụ nwaanyị**

Ndị Igbo na-ejikwa ụdị mbụrụ a atụnyere nwoke na-agba akwụna nke ukwuu, mana dịka ahịrịokwu a siri dị onye amaghị asụsụ Igbo nke ọma ga-eche na onye a na-ekwu maka ya anaghị eji anya ahụ nwaanyi anya mana ezigbo nwaafọ Igbo ga- ama na onye ahụ na-agba akwụna

.

**Ịchụ nwaanyị**

Okwu a apụtaghị mmadụ ịchu nwaanyị ọsọ, kama ndị Igbo na-eji ya dịka mbụrụ e ji atụnyere nwoke na-agba akwụna ọ kacha iso nwaanyị.

**Ọkọmma n'akwa**

Onye obụla maara na àkwà bụ nke onye ọbụla nwere ike idina na ya, nke a bụ na nghọta nịtị. Mana ndị Igbo na-eji mbụrụ a egosi na mmadụ bụ akwụna.

**Ọnọ na di achọ di**

Na nghọta nkịtị, ofeke nwere ike iche na ọ pụtara mmadụ ịchọgharị di ya, mana ọ bụ otu n'ime mbụrụ ndị Igbo ji atụnyere nwaanyị lụrụ di mana ọ na-ebi ndụ ịgba akwụna.

**Òjì íkè ékè**

Na nghọta nkịtị, anaghị eji íkè eke ihe. Mana ndị Igbo na-eji ụdị mbụrụ dị etu a na-atụ nyere nwaanyị na- ebi ndụ akwụna.

**Nnyocha na ị chọpụta ụdịrị Mbụrụ Ndị a Chọpụtara**

**Ịbụ nkịta**

Ebe a 'nkita' bụ anụmamanụ mana ndị Igbo ji ya mere ihe nhurunanya e ji a tụnyere onye na-agba akwụna, nke a mere ka atụtụ njiri mee pụta ihe. ụdị mbụrụ a bụ mbụrụ ke echiche.

**Ọkụ elu**

'Ọkụ enu' bụ ntụ e ji atụnyere agwara onye na-ebi ndụ akwụna site n'iji ihe nhụrụananya gosipụta nghọta nhurunuche. Atụtụ njirimee pụtara ihe ebe a n'ihi na ndị Igbo na-eji 'ọkụ enu' atụnyere mmadụ. Nke a bụ mbụrụ nnọrọonwe

**Ejighị anya ahụ nwoke.**

E ji ihe nhụrụnanya bụ 'anya', na 'nwoke' were gosipụta ṅghọta ṅhụrụnuche na mburu a. 'Anya' bụ ihe nsinebe, ebe 'nwoke'

bụ ihe ṅtụụnyere; nke a na-egosi etu atụtụ njirimee siri pụta ihe. ọ bụkwa mbụrụ ngwakọ.

**Anya ịdị n’ilo**

Na mbụrụ ịgba akwụna a, ‘anya’ bụ okwu nsinebe mana ‘ilo’ bụ okwu ntụnyere. Ha abụọ bụ ihe nhụrụnanya wee gosipụta nghọta nhụrụnuche bụ ịgba akwụna. Mbụrụ a bụ mbụrụ ngwakọ.

**Ụkwụ ịdị n’ama**

Ebe a ndị Igbo ne-eji ‘ụkwụ’ bụ ihe nhụrụnanya were tụnyere ‘ama’ iji mepụta nhụrụnuche maka mmadụ ịgba akwụna. Atụtụ njirimee pụtara ihe ebe a n’ihi na ndị Igbo jiri mkpụrụokwu abụọ ndị ahụ gosipụta ịgba akwụna. Mbụrụ a bụ nke ngwakọ.

**Ịtụfu ụkwụ**

Ụkwụ bụ ihe ṅtụnyere ṅhụrụnanya e ji nọchi anya mmadụ, ebe ‘ntụfu’ na-egosi agwara mmadụ ahụ iji mee ka ṅghọta ṅụrụunuche bụ Igba akwuna. Udi mbụrụ a bụ mbụrụ ke echiche. Atụtụ njirimee putara ihe ebe a.

**Ejighị anya ahụ nwaanyị**

Na mbụrụ ndị Igbo nke a, ‘anya’ bụ ihe nsinebe, mana ‘nwaanyị’ bụ ihe ntụnyere. E ji ‘anya’ nke bụ akụkụ ahụ mmadụ were tụnyere agwa mmadụ na-akpa ebe ụmụ nwaany nọ. Ya bụ na e ji ihe ndị ṅhụrụnanya were gosipụta ihe ṅhụrụnuche nke bụ igosi na mmadụ bụ akwụna. Atụtụ ntụnyere ka e jiri gosipụta ndụ igba akwụna. Nke a bụ mbụrụ ngwakọ.

**Ịchụ nwaanyị**

N’ebe a, ‘nwaanyị’ bụ ihe nhụrụnanya e ji gosipụta nghọta ṅhụrụnche bụ ịgba akwụna. Atụtụ njirimee pụtara ihe na mbụrụ a n’ihi na ndị Igbo na-eji ‘nwaanyị’ nọchie anya ụmụ nwaanyị na-ebi ndụ akwụna. ọ bụ mbụrụ ke echiche.

**Ọkamma n’akwa**

N’ụdịrị mbụrụ nke a, ndị Igbo ji ‘akwa’ dịka ebe ndina were na-atụnyere agwa ụfọdụ mmadụ na-akpa nke bụ ndụ akwụna. Nke a bụ iji gosi na nghọta okwu bụ ihe ndị nwe ya ji ya eme. Mbụrụ a bụ nke ngwakọ

**Ọnọ na di achọ di**

Na mbụrụ a, ndị Igbo ji okwu a bụ 'ịchọ di' were na-atụnyere nnwaanyị lụrụ di na-agba akwụna. Atụtụ njirimee pụtara ihe ebe a n'ihi na onye nọ na di ekwesighị ịchọ di, mana ndị Igbo ji ya dịka ntụ a ga-eji mee ka nhọta ṅhụrụnuche bụ akwụna pụta. Nke a bụ mbụrụ ke mmepụta

**Òjì íkè ékè**

Onye ọbụla maara na 'ike' esoghịn'akụkụ ahụ mmadụ e ji eke ihe, mana site n'ihe atụtụ njirimee na-akọwa, ṅghọta okwu ọbụla bụ ihe ndị new ya ji ya eme n'asụsụ ha. ọbụ n'ihi nke a mere ndị Igbo jiri were ihe ndị ahụ na-egosi ṅghọta nhụrụnuche. Mbụrụ nke a bụ nke ngwakụ.

**Nchịkọta, Mmechi na Aro**
**Nchịkọta**

Na nchịkọta nchọcha a, nwanchọcha chọpụtara ụfọdụ mbụrụ ndị Igbo ji ezipụta ịgba akwụna dịka otu n'ime ajọ ndụ nke ha na-agbarụrụ ihu. Ụfọdụ mbụrụ ndị ahụ bụ: ọkụ enu, ịbụ nkịta, ejighị anya ahụ nwoke, ejighị anya ahụ nwaanyị, anha ịdị n'ilo, ịtụfu ụkwụ, dg. A chọpụtakwara na ụfọdụ n'ime ha bụ mbụrụ ngwakọ, mbụrụ nnọrọonwe na nke echiche. Ọzọ kwa, a chọpụtara site na mbụrụ ndị ahụ na ndị Igbo na-eji ihe nsinebe na ṅhụrụnanya were gosipụta nghọta ṅbụrụnuche bụ ịgba akwụna. Ọzọ, a chọpụtara na atụtụ njirimee e jiri nyochaa mbụrụ ndịa pụtara ihe n'ihi na ọtụtụ ihe ntụ ndị ahụ ndị ahụ e ji atụnyere akwụna enweghị ka ha siri daba nghọta nkịtị ha nwere. Nke a bụ iji gosi na okwu ọbụla bụ ihe ndị nwe ya ji ya eme n'asụsụ ka ọ bụ.

**Mmechi**

Na mmechi nwachọcha mejupụtara ebumnobi ya site n'ịchopụta mbụrụ ndị ahụ ndị Igbo na-eji ekwu okwu n'ụzọ mkpụke bụ nke na-egosipụta ajọ ndụ ịgba akwụna. Atụtụ njirimce bụkwa nke pụtara ihe na nchọcha a n'ihi na ọtụtụ ihe ṅhụrụnanya dịka: anya, ụkwụ, ọkụ elu, ego na ọtụtụ ndị ọzọ bụ ihe nhụrụanya e jiri zipụta nghọta nhụrụnuche.

**Aro**

Ndịchọcha na-arịọ ka ndị ọkammụta n'asụsụ Igbo ọ kacha n'ihe Amụmamụ Ncheke ka ha gbaa mbọ bipụta ọtụtụ akwụkwọ agụmagụ ga-enyere ndị ga-eme nchọcha n'ihe gbasara atụtụ ncheke n'ọdị n'ihu. Ọ dịkwa mma ka ha mepụta nkọwaokwu gbasara amụmamụ a. A kwukwara na ọ ga-adị ndị mma ka ndị ome nchọcha nyochaa ụdịrị ajọ ndụ ndị ọzọ n'Igbo.

Edemsibịa


Alobo, E.E. & Ndifon, R. (2014). Addressing prostitution concerns in Nigeria: issues, problems and prospects. *Europeans scientific journal.* 10(14). Ihu 37- 47.

Anọzie.C.C. (2003). *Igbo Kwenu. (akụkọ na omenala ndị Igbo).* Enugu: Computer Edge Publishers.

Bach, K. & Harnish, R. (1979). Linguistic communication and speech acts. Cambridge, MA: The M.I.T. Press.

Crystal, D. (2008). *The Cambridge encyclopaedia of language.* Cambridge: Cambridge University Press

Eme, C. A., Mbagwu, D. U. & Mmadike, B. I. (2016). Proverbs and loss of metaphor. *Preorcjah* 1(1), 73-91

Ezeomeke, S. O. (2004). *Igodo nghọta ụtọasụsụ Igbo*. Enugu: Easy ọuality Press

Gungul, T.Y. & Audu, J.S. (2014). Prostitution as a social evil in Nigeria: issues and challenges. *International journal of peace and conflict studies.* 2(1). Ihu 82- 90.

Ibeh, P. I. (2017). *Ntụle mbụrụ metụtara nzuzu na nsirihụ ndị Igbo na ndị Bekee.* Nnamdị Azikiwe University, Awka.

Iherue, S. O. (2011). *Ihe ndị na-ebute ajọ akparamagwa na ihe ndị ọ na-eweta n'ala Igbo.* Unniversity of Nigeria, Nsukka.

Kempada, A. & Doezema, J. (1998). *Global seụ workers.* London: Routledge.

Lakoff, G. (1987). Women, fire, and dangerous things: What categories reveal about the mind. Chicago: Chicago University Press.

Lakoff, G. & Johnson, M. (1980). *Metaphor we live*. Chicago: Chicago University Press

Mbah, B.M. (2018). Lectures on Cognitive Linguistics. Nnamdi Azikiwe University, Awka.

Mbah, B. M; Mbah, E. E; Ikekọnwụ, E. S; Okeke, C. O; Ugwuona, C. N; Akaeze, C. M, Onu, J. O; Eze, E. A; Prezi, G. O & Odii, B. C (2013). *Igbo adi*. Enugu: University of Nigeria Press Limited.

Nwangama, E. U. (2005). The concept of sin and atonement in Igbo traditional religion: A case study of Ezza community in Ebonyi state. A Ph.D Thesis, University of Nigeria, Nsukka

Olisa, M. D. (1972). Taboos in Igbo religion na *society na West Africa religion II*. University of Nigeria, Nsukka.

Richard, N. (2018). *The different types of metaphor. Thought co*. Owa ududo, mee 6, 2018.

Udemmadu, T.N (2018). *Omụmụ nghọtaokwu (semantiks)*. Onitsha: Durability Press.

Udemmadu, T. N. & Umezi, P. (2016). Ntulekọrịta ngwaa asụsụ Igbo na ngwaa asụsụ Latin. *Odezurigbo*, 1, 167-179.

Umezi, P. I. (2017). *Nnwemagba oge na oke ala n'ilu Igbo na Steeti Anambra*. Nnamdi Azikiwe University, Awka.

## Ụzọ Ịkwalite Ọmụmụ Abụ Ederede Igbo n’Ogo Siniọ Sekọndịrị Na Zonu Mmụta Nsụka, Steeti Enugwu

Si N’aka
**Dr. Uchenna Fabian Ude**
Department of Arts Education,
University of Nigeria, Nsukka
E-mail address: uchenna.ude@unn.edu.ng
08064231662

**Dr. Nneka Justina Eze**
Department of Arts Education,
University of Nigeria, Nsukka
E-mail address:
08039555509
Na

**Joy Ujunwa Agboeze**
Department of Arts Education,
University of Nigeria, Nsukka
08063625885

**Ụmìedemede**

Nchọcha a lebara anya n’ụzọ dị iche iche a ga-esi kwalite ọmụmụ abụ ederede Igbo n’ogo siniọ sekọndịrị dị na zonu mmụta Nsụka nke steeti Enugwu. Nchọcha a jedebere n’ ụlọ akwụkwọ siniọ sekọndịrị dị na zonu mmụta Nsụka. Onye nehọcha jiri usoro sovee mee nchọcha a. ọnụọgụ ndị nchọcha jiri mee nchọcha bụ ndị nkụzi dị otu narị, iri atọ na isii (136) bụ ndị na-akụzi asụsụ Igbo na zonu mmụta Nsụka. Ndị nchọcha ji ndị nkụzi niile mee nchọcha a n’ ihi na ha adịghị ọtụtụ. Ndị nchọcha jiri ajụjụ ederede njụmaaza nke bụ ụzọ ịkwalite ọmụmụ abụ Igbo (ụ{ọAI.). Onye nchọcha haziri ihe nchọpụta na tebulu na tebulu dịka ajụjụ nchọcha anọ nchọcha a siri dị. Nchọpụta nchọcha gosiri na ngwa nkụzi kọmputa, usoro nkụzi mmemme, nka ekwumekwu na iwe ndị nkụzi nwere ezigbo ọzụzụ/mmụta n’ọrụ ga-akwalite ọmụmụ abụ ederede Igbo. Otu n’ ime aro ndị nchọcha tụnyere bụ na gọọmentị ga-ekewapụta agụmagụ ederede n’asụsụ Igbo nke abụ bụ otu ngalaba n’ ime ya ka ọ dịka nke asụsụ Bekee.

Okwu Ndị Pụtakarịchara Ihe: Ọmụmụ Agụmagụ, Abụ, Abụ Ederede Igbo

**Mkpọlite**

**Ntọala Nchọcha**

Asụsụ bụ okwu a na-ekwu n'ọnụ maọbụ ederede. ọ bụ n'etiti mmadụ na ibe ya ka a na-asụ asụsụ iji mee ka ha ghọta onwe ha. Mmadụ na-ebu ụzọ asụ asụsụ tupu o bido dewe ya ede. Ya bụ na asụsụ ọbụla a na-asụ na e nwere ike ide ya ede. ọ bụ asụsụ ka e ji a mata ebumnobi mmadụ.Asụsụ na-enwe usoro nke onye ọbụla na-asụ ya ga-agbaso. Mba ọbụla nwere asụsụ nke ha. A bịa n'ala Naịjirịa, asụsụ Igbo bụ otu n'ime asụsụ atọ kachasị pụta ihe. Ndị ọzọ bụ Awụsa na Yoruba. E nwekwara asụsụ ndị ọzọ dịka Tivi, Igala, Idoma, Urhobo na Efik.

ụfọdụ ndị ọkammụta akọwaala asụsụ n'ụzọ dị iche iche. Nwodo (2008) kwuru na nkọwa ihe bụ asụsụ adịchaghị mfe etu ọtụtụ ndị mmadụ siri chee n'ihi na ọtụtụ ihe mejupụtara asụsụ. N'ihi ya mgbe ọbụla a na-akọwa asụsụ, a ga-enwe ebe mgbado ụkwụ asụsụ na ihe a na-elegara anya na-akọwa ya. ọ gara n'ihu kwuo na e nwere ike ịgbasa aka kọwaa asụsụ dịka usoro ụda nke mba, obodo maọbụ agbụrụ ọbụla nwere ike iji na-ezikọrịta ozi n'etiti onwe ha. Anọzie (2001) kọwara na ọtụtụ ndị mmadụ akọwaala asụsụ n'ụzọ dị iche iche mana nkọwa ndị a niile bụ na asụsụ bụ ụzọ mmadụ na ibe ya na-esi enwe mkparịtaụka n'etiti onwe ha.Na nkọwa Nwaozuzu (2008) asụsụ bụ otu n'ime ihe kacha pụta ihe n'akparamagwa mmadụ ma mwulite ewulitere asụsụ ma yọcha ya ka ọ bụrụ ngwa mmadụ ji akọwapụta onwe ya ma na-ezirita ozi, bụrụ otu n'ime ihe kacha pụta ihe mmadụ mejupụtara n'ụwa. Asụsụ bụ ụzọ e si echekwa omenala site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ. Ọ bụ site n'asụsụ ka omenala jiri si n'aka ndị nna nna rute ụmụ ha. Okafo (2008) kọwara na asụsụ bụ ụzọ ndị mgbe ochie chepụtara ka mmadụ na ibe ya were na-ekwukọrịta okwu ma na-agwarịta ibe ya ihe a chọrọ ka ha mata. Ọ gakwara n'ihu kwuo na asụsụ bụ mmekọrịta mmadụ na ibe ya.Ezeuko (2000) kwuru na asụsụ nwere njirimara ndị a: A ga-ebu ụzọ mụta ịsụ asụsụ tupu odide ya, asụsụ na-enwe nhazi na usoro e si asụ ya. Asụsụ dị ụzọ abụọ; ekwuru n'ọnụ na ederede.

Asụsụ bụ iji akara zipụta ebumnuche. Nke a dabara na nkọwa Mba (2001) ebe ọ kọwara asụsụ dịka akụkụ iji akara edemede ezipụta ebumnuche mmadụ. Agbedo (2000) kọwakwara na asụsụ bụ okwu si mmadụ n'ọnụ pụta iji weta mmekọrịta mmadụ na ibe ya. E si n'asụsụ a mata agbụrụ onye si, dịka ndị Igbo.

Ndị Igbo bụ ndị isi ojii a na-ahụta n'akụkụ ọwụwa anyanwụ nke Naịjirịa. Ndị Igbo kwenyere n'usoro okpukpere chi dị iche iche. Ha kwere na e nwere chi ukwu nakwa ụmụ agbara na-ejere ya ozi. Ndị Igbo na-adị uchu n'ọrụ iji nweta ihe ha na-eri. Ndị Igbo na-azụ ahịa dị iche iche dịka: Eke, Orie, Afọ na Nkwọ. Steeti ebe a na-asụ asụsụ Igbo bụ steeti Abịa, Enugwu, Ebonyi, Anambra na Imo.A na-ahụta ndị Igbo na nge na nge na steeti Delta, Rivers na Akwa Ibom. Ndị agbataobi ndị Igbo na mpaghara ugwu gụnyere Igala na Idoma. A bịa n'ebe ọwụwa anyanwụ dịka Owere, agbataobi ndị Igbo bụ ndị Ikom na Yakum. A bịa n'ọdịda anyanwụ ha bụ Urobo na Isoko. Ọnụọgụgụ ndị na-asụ asụsụ Igbo bara ụba. Ugwuona (2013) kọwara na ndị na-asụ Igbo bụ ihe dịka nde mmadụ iri atọ. Ndị Igbo dịka Ikekeonwu (1987) kọwara so n'agbụrụ Kwa nke bụ nkewapụta Niger Congo. Asụsụ Igbo bụ asụsụ nwere olu izugbe na olundị. Nwaozuzu (2008) kwuru na a bịa n'asụsụ ọbụla na e nwere olu izugbe nwee olu abụghị olu izugbe. O kwuru na olu nke a kpọrọ olu izugbe bụ olu e ji eme nchọcha banyere asụsụ Igbo na omenala ya. Olu abụghị asụsụ izugbe ka a kpọrọ olundị.

Olundị bụ asụsụ a na-asụ na mpaghara dị iche iche nwere otu asụsụ izugbe. ụfọdụ olundị e nwere n'ala Igbo gụnyere olu Nsụka, olu Udi, olu Ezeagụ dị na steeti Enugwu. Olu ụmụahịa, olu Ngwa dị na steeti Abịa. Olu ọnịcha, olu ọka, olu Idemili dị na steeti Anambra. Olu Owere, olu Mbaise, olu Mgbidi dị na steeti Imo. Olu asụsụ Igbo ndị a na-egosipụta olundị ụfọdụ e nwere n'asụsụ Igbo. Mana ọ bụ Igbo Izugbe ka e ji amụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ nke abụ nọ n'ime ya. Alaka ihe ọmụmụ ndị ọzọ dị n'asụsụ Igbo n'ogo sinịọ sekọndịrị gụnyere: ụtọasụsụ, ụdaasụsụ, omenala, edemede, atụmatụokwu, aghọtaaza, leụis, akaraedemede, ntụgharị, iwu nsupe na agụmagụ. Ihe bụ mkpa ndị nchọcha bụ agụmagụ nke abụ bụ otu ngalaba n'ime ya.

Agụmagụ bụ akụkọ ụfọdụ gbasara isiokwu nke e jiri ọkpọka asụsụ kwuputa n'ụdị akụkọ, ejije na abụ. E nwere ụdị agụmagụ abụọ: Agụmagụ ọdịnala maọbụ ekwuru n'ọnụ na nke ugbua maọbụ ederede.Agụmagụ ọnụ bụ agụmagụ ndị Igbo nwere tupu ndị ọcha a bịa n'ala anyị. Na nkọwa Okebalama (2008), agụmagụ ọnụ bụ akụkọ ọdịnala niile a na-akọ n'ọnụ, abụ niile a na-abụ n'ọnụ, ifo, ilu, akpaalaokwu, agụmagụ na okwu niile e nwere n'Igbo. Agụmagụ ugbua maọbụ ederede bịara abịa n'ala anyị. Ugbu a e deela ọtụtụ ihe n'akwụkwọ agụmagụ ederede. Agụmagụ ugbu a maọbụ agụmagụ ederede nwere nghọta abụọ: Agụmagụ nkụzi na agụmagụ dịka ọrụ nka.

Agụmagụ nkụzi bụ ihe ọbụla dị n'ụdị ederede dịka fiziks, kemịstịrị, akwụkwọ mgbakọ na mwepụ, akwụkwọ dị n'ime ọgwụ a zụrụ azụ na-akọwa etu esi aṅụ ya, akwụkwọ nsọ na ndị ọzọ. Agụmagụ dịka ọrụ nka na-adị n'ụdị akụkọ, abụ na ejije. A na-esi n'ụdị agụmagụ a na-akọwapụta ma na-ahụta ndụ mmadụ. Ejije bụ njije agwa ma bụrụ ọrụ nka nke na-enwe akụrụngwa dị iche iche na-abata n'ime ya maka ihe na-emejupụta ya bụ ọrụ nka zuru oke. Akụkọ bụ ngalaba ọzọ e nwere n'agụmagụ. Akụkọ na-adị n'ụdị deregawa. ọ naghị enwe nkeji dịka abụ. A na-agbaso usoro ndepụta akwụkwọ dịka isiokwu, ndịna isiokwu, agwa, akparamagwa na ihe ndị ọzọ wee depụta ya.

Abụ bụ nnukwu mmetụta nke ime mmụọ nke mmadụ na-abụ mgbe o nwetara onwe ya n'ọnọdụ dị iche iche. Mgbe a na-ekwu maka abụ, anaghị asị na a na-agụ ha etu e si agụ ụfọdụ ukwe maọbụ uri maọbụ egwu. ọ bụghị abụ niile ka a na-abụ maọbụ agụ agụ. Abụ onye nchọcha na-ekwu maka ya bụ abụ echepụtara echepụta. Nke a pụtara na ọ bụ ihe otu onye chepụtara ma depụta n'akwụkwọ ka ndị mmadụ mara maka ya. ọ bụ usoro e jiri dee abụ na asụsụ nka e jiri chọọ ihe e dere maka abụ jiri dị iche n'agụmagụ ndị ọzọ. E nwere ụdị abụ dị iche iche nke gụnyere: Abụ nwa, abụ otito, abụ ikpe, abụ akwa, abụ ịhụnanya, abụ akụkọ, abụ mmemme, abụ nkụzi, abụ ekere na echiche miri emi, abụ ngụgọ na abụ ofufe.

Ụfọdụ ndị ọkammụta akọwaala abụ n'ụzọ dị iche iche. Mmuakor (1991) kọwara na abụ bụ ihe ọmụmụ gbasara mmetụta ndị mmadụ na-enwe n'ime obi ha nke na-akacha emi emi. Ogbe (1995) kwuru na abụ bụ ụdị agụmagụ kacha ụdị ndị ọzọ nwee ọkwa dị elu

ma na-ahịa ahụ na nghọta. Nke a bụ maka na abụ na-ezipụta onwe ya n'ụzọ pụrụ iche, nke na-achọ nnukwu nkata ahụ n'amamiihe, n'akwụkwọ na akọnuuche. Abụ bụ otu ụdị agụmagụ juputara na nka, mmadụ ji akọwa ndụ, ekere na ihe ndị ọzọ a na-ahụ na-eme n'ụwa. Abụ na-eji asụsụ dị elu, olu ọṅụ mmadụ, olu aṅụrị egosi ọnọdụ mmadụ nwetara onwe ya n'ụwa. Asụsụ abụ na-esi ike, dị nkenke, ju eju na nghọta ma nwee ndanusoro.

Abụ dịka ihe ọmụmụ dị na kurikulum nke siniọ sekọndịrị na-enye ụmụakwụkwọ nsogbu ọtụtụ oge. ụmụakwụkwọ na-enwebe nsogbu n'ọgụgụ na nghọta abụ Igbo. Nke a mere ndị nchọcha ji elebaa anya n'ụzọ dị iche iche a ga-esi kwalite ọmụmụ abụ Igbo n'ogo siniọ sekọndịrị dị na zonu mmụta Nsụka nke Steeti Enugwu. Ndị nchọcha na-eche na otu ụzọ e nwere ike isi kwalite ọmụmụ abụ Igbo bụ iji ngwa nkụzi kọmputa akụziri ụmụakwụkwọ abụ.

Ngwa nkụzi bụ otu akụkụ n'usoro nkụzi nke na-enye aka n'imejupụta mbunuche ihe ọmụmụ. Anọzie (1999) gụpụtara ụfọdụ ngwa nkụzi, nke gụnyere: Mgbo odee, akwụkwọ ọgụgụ, atụratụ, ndị ọkachamara, onye nkụzi n'onwe ya na akụrụngwa ndị ọzọ a na-eji ọkụ latrik enye ike dịka kọmputa.

Kọmputa bụ igwe nwere ọtụtụ akụkụ e ji ọkụ latirik enye ike, nke nwere ike ịnata ozi, chekwaa ozi, hazie ha ma nwekwaa ike ịrụ ọrụ mgbakọ na mwepụ. Kọmputa dịka ngwa nkụzi etebeghị aka ọ bịara n'ala Igbo ma ọ bụrụ na e were ya tụnyere ngwa nkụzi ndị ọzọ. Okafọ (2001) kọwara kọmputa dịka igwe na-anata ozi, rụọ ọrụ mgbakọ na mwepụ maọbụ rụọ ọrụ ndị ọzọ e ji ọgụgụ isi arụ ma nwee ike ịgbanwe ozi e nyere ya ma wepụta ọsịsa ozi ahụ etu e siri chọọ. ụzọ ọzọ e nwere ike isi bụkwa site n'ịgbaso usoro nkụzi mmemme wee na-akụziri ụmụakwụkwọ ihe. Ọnwụka (2016) kọwara usoro mmemme dịka nwata akwụkwọ ibido ime ihe a chọrọ ka e mee. Ọ gakwara n'ihu kwuo na usoro mmemme gbasatara ọgụgụ, odide, ọnụnụ, ịza ajụjụ, ịkparịtaụka na ime ihe ọbụla a sị ka e mee. ọ bụrụ na onye nkụzi agbaa mbọ hụ na nwata akwụkwọ ọbụla sonyere n'ihe ọmụmụ, ọ ga-akwalite abụ Igbo n'ogo siniọ sekọndịrị.

Ọzọ kwa, ndị nchọcha na-eche na iji nka ekwumekwu akụziri ụmụakwụkwọ abụ nwere ike ịkwalite ọmụmụ abụ Igbo

n’ogo siniọ sekọndịrị dị na zonu mmụta Nsụka nke Steeti Enugwu. Nke a pụtara na o nwere ihe ndị a tụrụ anya na onye nkụzi ga-amata nke ọma. Nka ekwumekwu bụ nka onye nkụzi webatara na nkụzi ya iji mee ka ụmụakwụkwọ gee ntị ma kpapụta ha ụka n’ọnụ. Ndụdịm (2003) gosipụtara nka ekwumekwu Igbo ndị a: {sa ajụjụ, ikwe ukwe, ọgụgụ ngụpụta.

Uzo ọzọ e nwere ike iji kwalite ọmụmụ abụ Igbo bụ site n’iwe ndị nkụzi nwere ezigbo mmụta n’asụsụ Igbo n’ọrụ. Ezigbo onye nkụzi ga-abụrịrị onye a zụrụ nke ọma ma bụrụ onye nwere ezigbo mmụta na nghọta n’ime ihe ahụ ọ ga-akụzi. Ebe (2004) kọwara na mmadụ anaghị enye onye ọzọ ihe ọ na-enweghị.

Ọtụtụ oge, ndị na-akụzi asụsụ Igbo nke abụ so n’ime ya n’ogo siniọ sekọndịrị bụ ndị enweghị ezigbo ọzụzụ n’asụsụ Igbo. ọ bụrụ na e nwee ndị nkụzi nwere ezigbo mmụta n’asụsụ Igbo n’ogo siniọ sekọndịrị na zonu mmụta Nsụka nke Steeti Enugwu, ọga-enye aka kwalite ọmụmụ asụsụ Igbo.

Ndị nchọcha ga-agbado ụkwụ n’ụzọ dị iche iche a ga-esi kwalite ọmụmụ abụ Igbo n’ogo siniọ sekọndịrị dị na zoonu mmụta Nsụka nke Steeti Enugwu.

**Nsogbu Nchọcha**

Abụ Igbo bụ ihe na-enye ụmụakwụkwọ nsogbu. ọtụtụ ụmụakwụkwọ na-ahụta abụ Igbo dịka ihe siri ike. Ihe kpatara nke a bụ na abụ nwere ụdịrị asụsụ e ji ede ya, nke na onye na-agụ ya ga-echemi echiche nke ọma tupu ọ ghọta ihe odee na-ekwu maka ya.Abụ anaghị adị n’ụdị akụkọ maọbụ ejije. ọ na-adị nkenke na ọgbara na ọgbara, nke na-ebutere ụmụakwụkwọ nsogbu nghọta. ọ bụ n’ihi mgbagwojuanya ụmụakwụkwọ na-enwe mere ndị nchọcha ji lebaa anya n’ụzọ dị iche iche a ga-esi kwalite ọmụmụ abụ Igbo n’ogo siniọ sekọndịrị dị na zonu mmụta Nsụka nke Steeti Enugwu.

**Mbunuche Nchọcha**

Mbunuche izugbe nchọcha a bụ ịchọpụta ụzọ dị iche iche a ga-esi kwalite ọmụmụ abụ Igbo n’ogo siniọ sekọndịrị dị na zonu

mmụta Nsụka nke Steeti Enugwu. Nchọcha a ga-elebakwazi anya n'ihe ndị a:

1. {chọpụta ka a ga-esi e ji ngwa nkụzi kọmputa kwalite ọmụmụ abụ Igbo.
2. {chọpụta ka a ga-esi e ji usoro nkụzi mmemme kwalite ọmụmụ abụ Igbo.
3. {chọpụta ka a ga-esi e ji nka ekwumekwu kwalite abụ Igbo.
4. {chọpụta ka a ga-esi kwalite abụ Igbo site n'iwe ndị nkụzi nwere ezigbo ọzụzụ/mmụta, n'asụsụ Igbo n'ọrụ.

**Uru Nchọcha**

Nchọcha a nwere uru ọ ga-aba na nkụzi na ọmụmụ abụ Igbo, ọ kachasị na zonu mmụta Nsụka. ọ ga-abara ụmụakwụkwọ, ndị nkụzi na ndị gọọmentị uru. Ụmụakwụkwọ ga-erita uru na nchọcha a nke ukwuu. Nchọcha a ga-eme ka ha mara ede nakwa agụ ihe gbasara abụ Igbo. Ọ ga-akwalite mmụọ ụmụakwụkwọ ịgụ akwụkwọ abụ Igbo ọbụla n'ihi na abụ ọbụla nwere ihe ọ na-akụzi. Ọ ga-emekwa ka ọmụmụ abụ dị mfe ma nwee nghọta zuru oke. Ndị nkụzi ga-erite uru na nchọcha a maka na ọ ga-enyere ha aka ịmata abụ Igbo dị iche iche. ọ ga-emekwa ka ha nwee ike ịkwụrụ chịm mgbe ọbụla ha nọ n'ọgbakọ ebe ihe gbasara abụ dapụtara. Ọ ga-eme ka onye nkụzi mara nke ọma ihe ọ na-akụziri ụmụakwụkwọ ma dị njikere ịza ajụjụ ọbụla ha jụrụ ya. Nchọcha a ga-abara gọọmentị uru maka na ọ ga-eme ka ha mata uru ọ dị inwe ndị nkụzi nwere ọzụzụ/mmụta n'ọrụ.

**Oke Nchọcha**

Nchọcha a jedebere n'ụlọakwụkwọ siniọ sekọndịrị dị na zoonu mmụta Nsụka nke steeti Enugwu. O lebara anya n'ịchọpụta ụzọ dị iche iche a ga-esi kwalite ọmụmụ abụ Igbo n'ogo siniọ sekọndịrị dị na zonu mmụta Nsụka nke Steeti Enugwu. Ihe ndị e lebara anya iji mee ya bụ nchọcha gụnyere: Ngwa nkụzi kọmputa, usoro nkụzi mmemme, nka ekwumekwu na iwe ndị nwere ezigbo ọzụzụ/ mmụta n'ọrụ. Ebe e medebere nchọcha a bụ n'okpuru ọchịchị mmụta zonu Nsụka.

**Ajụjụ Nchọcha**

1. Kedụ ka a ga-esi e ji ngwa nkụzi kọmputa kwalite ọmụmụ abụ Igbo?
2. Kedụ ka a ga-esi e ji usoro nkụzi mmemme kwalite ọmụmụ abụ Igbo?
3. Kedụ ka a ga-esi e ji nka ekwumekwu kwalite ọmụmụ abụ Igbo?
4. Olee etu a ga-esi kwalite abụ Igbo n'ogo siniọ sekọndịrị site n'inwe ndị nkụzi nwere ezigbo ọzụzụ/mmụta n'asụsụ Igbo n'ọrụ?

**Atụtụ Mmụgharị**
**Atụtụ Ebumpụtaụwa**

Atụtụ a si n'aka Noam Chomsky na ndị otu ya n'afọ 1957. Atụtụ a na-akọwa na nwatakịrị ọbụla nwere ihe Chineke tinyere n'ime ụbụrụ ya, nke ga-eme ka ọ mụta asụsụ ọbụla ọ na-asụ n'ebe o nwetara onwe ya. Ihe a ka Chomsky na ndị otu ya kpọrọ 'Language Acọuisition Device' (LAD) Ngwa mmụta asụsụ. Ha kọwara na ọ bụ maka na ụmụanụmanụ enweghị 'LAD' mere na ha enweghị ike ịsụ asụsụ. Ha gara n'ihu kwuo na ọ bụ atụtụ a na-eme ka ụmụaka a mụrụ n'otu ọgbọ na-amụta asụsụ dị iche iche. Atụmatụ Chomsky na ndị otu ya dabara na nchọcha a n'ihi na abụ bụ ọrụ ụbụrụ. Ihe nke a pụtara bụ na nwata ọbụla ụbụrụ ya dị mma nọrọ ebe a na-agụ abụ, o gee ntị tụlee ya n'echiche ya, ọ ga-amụta ya n'egbughị oge ọbụla. Ebe abụ bụ otu ngalaba agụmagụ, agụmagụ a bụrụ asụsụ, nwatakịrị ọbụla ga-amụtali abụ.

**Nchọcha A Hụrụ Anya**

Amakwe, Nwachukwu na Nwagbara (2016) mere nchọcha banyere nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ọmụmụ abụ Igbo n'ụlọakwụkwọ Juniọ sekọndịrị dị n'okpuru ọchịchị Bende nke Steeti Abịa. Ha ji ụmụakwụkwọ na ndị nkụzi mee nchọcha ha. Ha ji ajụjụ ederede njụmaza mee ngwa nchọcha bụ nke ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ zara. Site na nchọcha ha mere, ha chọpụtara na nsogbu na-adị n'ọmụmụ abụ Igbo bụ na ọtụtụ ụmụakwụkwọ anaghị enwe mmasị n'ọmụmụ abụ Igbo. Myiri dị na nchọcha nke Amakwe na ndị otu ya na nke ugbua a bụ na ha abụọ na-ekwu maka abụ. Ndịiche dị na nchọcha Amakwe na ndị otu ya na nke ugbua bụ na ha

na-ekwu maka nsogbu a na-enwe n'ọmụmụ abụ Igbo. Ndịiche ọzọ bụ na ha mere nchọcha ha na Steeti Abịa. Ha ji junịọ sekọndịrị mee nchọcha ha.

Eze na Agbo (2016) mere nchọcha banyere etu a ga-esi kwalite nkụzi na ọmụmụ ejije ọdịnaala Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị dị na Nsụka ọban na Steeti Enugwu. Ha ji ndị nkụzi asụsụ Igbo na ụmụakwụkwọ mee nchọcha ha. Ha ji ajụjụ ederede njụmaza mee ngwa nchọcha ha. Site na nchọcha ha, ha chọpụtara n'iji ngwa nkụzi akụzi ejije ọdịnaala Igbo ga-enye aka kwalite nkụzi na ọmụmụ ejije ọdịnaala n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị dị na Nsụka ọban. Ha chọpụtara na ụmụakwụkwọ isonye na mmepụta ejije ọdịnaala ga-enye aka ka ha ghara ichefu ihe akụziri ha nke ga-akwalite nkụzi na ọmụmụ ejije ọdịnaala Igbo. Myiri dị na nchọcha ọzọ na Agbo na nke ugbu a bụ na ha abụọ na-ekwu maka etu a ga-esi kwalite ọmụmụ. E mere nchọcha abụọ a na Steeti Enugwu. Ndịiche dị na ha bụ na Eze na Agbo na-ekwu maka ejije ọdịnaala bụ otu ngalaba agụmagụ, ebe nchọcha nke ugbua na-ekwu maka abụ bụkwa otu ngalaba n'ime agụmagụ. Ha mere nchọcha ha na Nsụka ọban ebe nke ugbua bụ na zonu mmụta Nsụka. Onuh (2014) mere nchọcha banyere nsogbu a na-enwe na nkụzi na ọmụmụ abụ n'ụlọakwụkwọ sinịọ sekọndịrị dị n'okpuru ọchịchị Igbo-eze nọọtụ. Ndị e jiri mee nchọcha a bụ ụmụakwụkwọ e nwere n'okpuru ọchịchị Igbo-eze nọọtụ. O jiri ngwa nchọcha ajụjụ njụmaza bụ nke ụmụakwụkwọ na ndị nkụzi zara. Otu n'ime ihe a chọpụtara na nchọcha a bụ na-ejighị ngwa nkụzi na-adọghachi ọmụmụ abụ Igbo azụ n'ụlọakwụkwọ sinịọ sekọndịrị dị n'okpuru ọchịchị Igbo-eze nọọtụ. Myiri dị na nchọcha nke Onuh (2014) na nke ugbua bụ na ha abụọ na-ekwu maka ọmụmụ abụ Igbo. ọzọkwa, ha abụọ mere nchọcha ha n'ogo sinịọ sekọndịrị. Ndịiche ha abụọ bụ na Onuh (2014) na-ekwu maka nsogbu a na-enwe na nkụzi na ọmụmụ abụ ebe nchọcha nke ugbua na-ekwu maka ụzọ dị iche iche a ga-esi kwalite ọmụmụ abụ Igbo

Ugwoke na Nduka (2013) mere nchọcha banyere nsogbu na-adị na nkụzi na nghọta abụ n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị dị n'okpuru ọchịchị Nsụka. Ha ji ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ mee nchọcha ha. Ngwa nchọcha ha bụ ajụjụ ederede njụmaza bụ nke ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ zara. Site na nchọcha ha mere, ha chọpụtara na ụmụakwụkwọ na-ahụta abụ dịka ihe siri ike.

Myiri dị na nchọcha ha na nke ugbu a bụ na ha abụọ na-ekwu maka abụ. ọzọkwa ha abụọ bụ n'okpuru ọchịchị Nsụka ka e

mere ha. Ndịiche dị na nchọcha ha na nke ugbua bụ na nchọcha ha na-ekwu maka nsogbu na-adị na nkụzi na nghọta abụ n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị ebe nke ugbua na-ekwu maka ụzọ dị iche iche a ga-esi kwalite ọmụmụ abụ Igbo.

N'ime nchọcha a hụrụ anya ndị ahụ a tụlere, o nweghị nke lebara anya n'ụzọ a ga-esi kwalite ọmụmụ abụ Igbo. Nke a mere ndị nchọcha ji nwee mkpali mmụọ ime nchọcha maka ụzọ dị iche iche a ga-esi kwalite nkụzi na ọmụmụ abụ Igbo n'ogo sinịọ sekọndịrị na zonu mmụta Nsụka nke steeti Enugwu.

**Usoro Nchọcha**

**Ụdị Nchọcha**

Ndị nchọcha ji sọvee nkọwa mee nchọcha a. Nworgu (2006) kọwara sọvee nkọwa dịka usoro nchọcha e ji amata echiche, mbunuche, nkwenye na nhụrụ ụwa ndị mmadụ nke e si na ya ezipụta mbunuche nchọcha. Sọvee bụ iji ụfọdụ mmadụ a họpụtara n'otu ebe ka ha nọchie anya ndị ọzọ.

**Ebe Nchọcha**

Ebe a nọ mee nchọcha a bụ na zonu mmụta Nsụka nke gụnyere okpuru ọchịchị ụzọ-ụwanị, Igbo Etiti na Nsụka. Ihe mere ndị nchọcha ji họrọ zonu mmụta Nsụka bụ na ha chọpụtara na nkụzi abụ ederede Igbo na-ala azụ n'ebe ahụ.

Ndị Nsụka bụ ndị e ji ọrụ ugbo wee mara. Ha na-akọ nri dị iche iche dịka ọka, ji, ede na akpụ. Ha na-esi ụdị nri dị iche iche nke ndị mpaghara ala Igbo ndị ọzọ anaghị esi dịka, ayaraya ọka, ayaraya ji, achịcha, ọkpa, nteko na ịgbangwụ.

**Ndị E Ji Mee Nchọcha**

Ndị e ji mee nchọcha a dị narị iri atọ na isii (136) bụ ndị nkụzi asụsụ Igbo na mpaghara zonu mmụta Nsụka. ụlọakwụkwọ sekọndịrị dị na zonu mmụta Nsụka dị iri ise na iteghete. (PPSMB May, 2018).

**Nsere na Usoro Nsere**

Ndị nchọcha ji ndị nkụzi niile na-akụzi Igbo na zonu Nsụka mee nchọcha a. ọnụọgụ ha dị otu narị, iri atọ na isii.

**Ngwa Nchọcha**

Ngwa nchọcha e ji mee nchọcha bụ njụmaza nke isiokwu ya bụ ụzọ {kwalite ọmụmụ Abụ Igbo (ụ{ọAI) nke ndị nchọcha mepụtara n'onwe ha. Njụmaza ahụ nwere ndịna iri abụọ a haziri maka ndị nkụzi iji nweta ebumnobi ha maka ụzọ dị iche iche a ga-esi kwalite ọmụmụ abụ ederede Igbo. N'ajụjụ ederede njụmaza ndị a ga-aza, ajụjụ ga-egosi etu ha si kwenye n'ọsịsa ajụjụ ajụrụ ha. Site n'ịkanye akara a (√) n'ebe masịrị ha . E kewara nkwenye a ụzọ anọ ndị a:

| | |
|---|---|
| Ekwesiri m ike | (EMI) Akara anọ |
| Ekwere m | (EM) Akara atọ |
| Ajụrụ m | (AM)Akara abụọ |
| Ajụsiri m ike | (AMI) Otu akara |

**Nnyocha Ngwa Nchọcha**

Ndị nchọcha weere ngwa nchọcha a gakwuru ndị ọkammụta mmadụ abụọ n'asụsụ Igbo nọ na ngalaba mmụta nka na otu onye meshọmentị na evalueshọnna ngalaba mmụta sayensị na mahadum Naịjirịa, Nsụka ka ha lebara ya anya. Ndị ọkammụta lebara anya na ngwa nchọcha a ka ha mara ma ihe ndị nchọcha dere ọ bụ ihe dabara na nchọcha ya. ọ bụ site na ntụziaka ha nyere ka ndị nchọcha ji hazie ngwa nchọcha a etu ọ si dị na nchọcha a.

**Usoro Nnweta Ihe Nchọcha**

Ndị nchọcha gara n'ụlọakwụkwọ ndị a họpụtara, nata ikikere n'aka onyeisi ụlọakwụkwọ maka iji ndị nkụzi ya mee nchọcha. Ndị nchọcha nọkwa ebe ahụ kọwara ha ihe ha kwesiri ime. Ndị nchọcha nakọtara ha ngwa nchọcha a ma gwa ha na ụsa niile ha nyere ga-abụ naanị maka nchọcha a.

**Usoro Nhazi Ihe A Chọpụtara**

Ndị nchọcha ji miin na standad devieshọn hazie ihe ha chọpụtara. Ọsịsa ajụjụ nwere miin 2.5 gbagowe bụ nke ndị nchọcha nabatara ma jiri ya wee rụọ ọrụ, ebe ọsịsa ọbụla erughị 2.5 bụ nke ndị nchọcha anabataghị.

**Ajụjụ Nchọcha nke mbụ:** Kedụ ka a ga-esi e ji ngwa nkụzi kọmputa kwalite ọmụmụ abụ Igbo?

**Tebulu nke Mbụ:** Etu a ga-esi eji ngwa nkụzị kọmpụta kwalite ọmụmụ abụ ederede Igbo

N = 136

| Ọnụ ọgụ | Ndịna | EMI | EM | AM | AMI | Miin | SD | Mkpebi |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| 1. | Ngwa nkụzị kọmpụta ga-eme ka ọmụmụ abụ ederede Igbo di mfe | 70 | 50 | 6 | 10 | 3.5 | 0.86 | 1. |
| 2. | Kọmpụta ga-eme ka ụmụakwụkwọ nwe mkpali mmụọ n' ọmụmụ abụ igbo | 56 | 64 | 9 | 7 | 3.2 | 0.79 | 2. |
| 3. | Kọmpụta ga-eme ka ụmụakwụkwọ hapụ irahụ ụra mgbe a na-akụzị abụ ederede Igbo. | 60 | 48 | 27 | 1 | 3.4 | 0.53 | 3. |
| 4. | Ngwa nkụzị kọmpụta ga-eme ka ọmụmụ abụ Igbo dowanye anya | 73 | 50 | 3 | 10 | 3.3 | 0.85 | 4. |
| 5. | Ngwa nkụzị kọmpụta ga-eme ka onye nkụzị na | 64 | 49 | 18 | 5 | 3.2 | 0.82 | 5. |

| | | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| | ụmụakwụkwọ nwe ezi mmekọrịta n’ ọmụnụ abụ ederede igbo | | | | | | | |
| | Mgbakọta ọnụ miin. | | | | | 3.3 | | |

Data e gosipụtara na tebulu nke mbụ a na-egosi na ngwa nkụzi kọmpụta dabara na ngwa nkụzi ga-akwalite ọmụmụ abụ ederede Igbo. Ndịna nke mbụ 3.3, nke abụ bụ 3.2 nke atọ 3.2, nke anọ 3.3 na nke ise 3.2. A nabatara ndịna ndịa n’ ihi na miin ha gafere 2.5.

**Ajụjụ Nchọcha nke abụọ:** Kedụ ka a ga-esi e ji usoro nkụzi mmemme kwalite ọmụmụ abụ Igbo?

**Tebulu nke abụọ**: Etu usoro nkụzị mmemme ga-esi kwalite ọmụmụ abụ ederede Igbo n’ ogo Siniọ sekọndịri

| Ọnụ ọgụ | Ndịna | EMI | EM | AM | AMI | Miin | SD | Mkpebi |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| 6 | Site n’ iji usoro ọgụgụ ngụpụta | 38 | 79 | 7 | 12 | 3.0 | 0.82 | A nabatara |
| 7. | Site n’ ọgụgụ ngụkọọnụ-ga akwalite ọmụmụ abụ ederede Igbo | 44 | 66 | 18 | 14 | 2.9 | 0.93 | A nabatara |
| 8. | Ịza ajụjụ | 15 | 6 | 78 | 37 | 1.9 | 0.87 | A |

| | | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| | na klaasi, ga akwalite ọmụmụ abụ ederede Igbo | | | | | | | nabataghi |
| 9. | Nrụrịta ụka ga-akwalite ọmụmụ abụ ederede Igbo | 87 | 39 | 7 | 3 | 3.5 | 0.69 | A nabatara |
| 10. | Ntụlekọrịta echiche ga-akwalite ọmụmụ abụ ederede Igbo | 61 | 53 | 15 | 7 | 3.2 | 0.84 | A nabatara |
| | **Mgbakọta ọnụ miin.** | | | | | **2.9** | | |

Data dị na tebulu nke abụọ a na-egosi na ndịna nke isii bụ 3.0, nke asaa 2.9, nke iteghete 3.5 na nke iri 3.2 dabara na nchọcha a n' ihi na miin ha gafere 2.5 ebe ndịna nke asatọ bụ 1.9 anabataghị nke asatọ n'ihi na miin ya erughị 2.5. O gosiri na usoro nkụzi mmemme ga-akwalite nkụzi abụ ederede Igbo.

**Ajụjụ Nchọcha nke atọ:** Kedụ ka a ga-esi e ji nka ekwumekwu kwalite ọmụmụ abụ Igbo?

**Tebulu nke atọ:** Etu a ga-esi eji nka ekwumekwu kwalite ọmụmụ abụ ederede Igbo.

| Ọnụ ọgụ | Ndịna | EMI | EM | AM | AMI | Miin | SD | Mkpebi |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| 11. | Site n' ige ntị na radio | 36 | 79 | 14 | 7 | 3.0 | 0.75 | A nabatara |
| 12. | Site n' ịkpọbata onye ọkachamara n' asụsụ Igbo | 40 | 69 | 19 | 8 | 3.0 | 0.82 | A nabatara |
| 13. | Site n' ịkọwa eserese dị iche iche | 15 | 18 | 70 | 33 | 2.1 | 0.89 | A nabataghi |
| 14. | Iwebata agwụgwa na okwu ntụhi dị iche iche | 88 | 24 | 13 | 11 | 3.3 | 0.95 | A nabatara |
| 15. | Site n' ikwe ukwe | 66 | 43 | 13 | 14 | 3.1 | 0.98 | A nabatara |
| | **Mgbakọta ọnụ miin** | | | | | **2.9** | | |

Data dị na tebulu nke atọ na-egosi na ndịna nke iri na otu 3.0, nke iri na abụọ 3.0, nke iri na anọ 3.3 na iri na ise 3.1 dabara na nchọcha n' ihi na miin ha gafere 2.5, ebe ndịna nke iri na atọ bụ 2.1, anabataghị ya n' ihi na miin ya erughị 2.5. Ọzọ kwa akara miin mgbakọtaọnụ bụ 2.9 nke gosikwara na nka ekwumekwu ga-akwalite ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ihi na ọ gafeere 2.5.

**Ajụjụ Nchọcha nke anọ:** Olee etu a ga-esi kwalite abụ Igbo n'ogo siniọ sekọndịrị site n'inwe ndị nkụzi nwere ezigbo ọzụzụ/mmụta n'asụsụ Igbo n'ọrụ?

**Tebulu nke anọ:** Etu a ga-esi eji ndị nkụzị nwere ezigbo ọzụzụ kwalite ọmụmụ abụ ederede Igbo.

| Ọnụ ọgụ | Ndịna | EMI | EM | AM | AMI | Miin | SD | Mkpebi |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| 16. | Ndị nkuzị nwere ezigbo ọzụzụ mara oge ụmụakwụkwọ dị njikere maka ọmụmụ abụ ederede Igbo | 50 | 68 | 13 | 5 | 3.1 | 0.75 | A nabatara |
| 17. | Ndị nkụzị nwere ezigbo ọzụzụ mara usoro na nka kacha mma eji akụziri ụmụakwkwọ abụ. | 70 | 39 | 17 | 10 | 3.2 | 0.93 | A nabatara |
| 18. | Ndị nkụzị nwere ezigbo ọzụzụ ga-eme ka ụmụakwụkwọ new mkpali mmụọ n' ọmụmụ abụ ederede Igbo. | 49 | 54 | 19 | 14 | 3.1 | 0.95 | A nabatara |
| 19. | Ndị nkụzị nwere ezigbo | 63 | 50 | 14 | 9 | 3.2 | 0.88 | A nabatara |

| | | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| | ọzụzụ na ebido na abụ di mfe ga na nke adịghị mfe. | | | | | | | |
| 20. | ndị nkụzi nwere ezigbo ọzụzụ/mmuta na-ewepụta oge maka nkụzị abụ ederede Igbo. | 51 | 68 | 13 | 5 | 3.2 | 0.73 | A nabat ara |
| | **Mgbakọta ọnụ miin.** | | | | | **3.1** | | |

Data dị na tebulu nke anọ na-egosi na ndịna nke iri na isii 3.1, iri na asaa 3.2, iri na asatọ 3.1 iri na iteghete 3.2 na iri abụọ 3.2 anabatara ndịna ndịa niile na nchọcha n’ ihi na miin ha gafere 2.5.

**Mkparịtụka**

**Etu a ga-esi eji ngwa nkụzị kọmpụta kwalite ọmụmụ abụ ederede Igbọ.**

Ọsịsa ndị nkụzị Igbo gosipụtara na ngwa nkụzi kọmpụta ga-eme ka ụmụakwụkwọ nwe mkpali mmụọ n’ ọmụmụ abụ ederede Igbo. Ọzọ kwakọmpụta ga-eme ka ụmụakwụkwọ hapụ ịrahụ ụra mgbe a na-akụzi abụ ederede Igbo. Ngwa nkụzi kọmpụta ga-eme ka ọmụmụ abụ ederede Igbo dowanye Anaya. Ngwa nkụzị kọmpụta ga-eme ka ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ nwe ezi mmekọrịta.

Ihe ndịa niile ga-enye aka n’ịkwalite nkụzị na ọmụmụ abụ ederede Igbo n’ ogo sinio sekọndịrị dị na zonu mmụta Nsuka. Nchọcha a dabara n’ echiche Ogbu (2017) nke kọwara na ngwa nkụzi kọmpụta pụtara n’ ihi ezughi oke ngwa nkụzi ndị ọzọ. Nke a bụ eziokwu n’ ihi na ngwa nkụzị kọmpụta abụghị naani ọnụnụ kama ụmụakwụkwọ na- anụ, hụ n’ anya ma metukwa ya aka, nke a ga-eme ka ha nwe mkpali mmụọ ma weta ezi mmekọrịta na etiti ha na onye nkụzị.

**Etu usoro nkụzi mmemme ga-esi kwalite ọmụmụ abụ ederede Igbo.**

Ọsịsa ndị nkụzi Igbo zara na ajụjụ nchọcha nke abụọ gosiri na e nwere usoro nkụzị mmemme dị iche iche onye nkụzị ga-gbaso iji kwalite ọmụmụ abụ ederee Igbo. Usoro ndị a gụnyere ọgụgụ ngụpụta, ọgụgụ ngụkọọnụ, nrụrịta ụka na ntụlekọrịta echiche. Ọ bụrụ na onye nkụzị agbaso usoro nkụzi mmemme nke ọma na ụmụakwụkwọ ga-esonye nkọma n' ọmụmụ abụ ederede Igbo. Nke a dabara n' echiche Ọnwụka (2016) nke kọwara na ụsọrọ nkụzi mmemme bụ na nwata akwụkwọ ọbụla ga-esonye n' ihe omume. Nke a bụ eziokwu n' ihi na ọ bụrụ na ụmụakwụkwọ sonye n' ihe omume mgbe onye nkụzị na-akụzi ihe ọ ga-eme ka ha hapụ ichefu ihe onye nkụzi kụziri.

**Etu a ga-esi eji nka ekwumekwu kwalite ọmụmụ abụ ederede Igbo.**

Ọsịsa ndị nkụzi Igbo n'ajụjụ nchọcha nke atọ gosiri na onye nkụzi Igbo iwebata nka ekwumekwu dị iche iche na nkụzi abụ ederede Igbo ga-enye aka kwalite ọmụmụ abụ ederede Igbo n' ogo sinịọ sekọndịrị. Nka ekwumekwu ndị ha nabatara bụ ige ntị na redio, site n' ịkpọbata onye ọkachamara n' asụsụ Igbo iwebata agwụgwa na okwu ntụhị dị iche iche na ikwe ukwe.

Nchọcha a dabara na nkọwa Ebe (2004) n'ihi na ọ kọwara na nka ekwumekwu bụ nka onye nkụzi webatara na nkụzi ya iji mee ka ụmụakwụkwọ mụta ihe ọ na-akụziri ha. Nkea bụ eziokwu n' ihi na nka ekwumekwu nwere ọtụtụ uru ọ na-aba na nkụzi na ọmụmụ, ọ na-eme ka ụmụakwụkwọ mara etu-esi akpọpụta ọtụtụ okwu Igbo dị iche iche. Ọ na-eme ka ha mara okwu ọhụụ batara n' asụsụ Igbo. Ọ na-emekwa ka nkụzi na ọmụmụ dowanye anya tụmadi abụ ederede Igbo.

**Etu a ga-esi kwalite abụ ederede Igbo n' ogo sinịọ sekọndịrị site n' iwe ndị nkụzi nwere ezigbo ọzụzụ/mmụta n'asụsụ Igbo n'ọrụ.** Ọsịsa ndị nkụzị Igbo na ajụjụ nchọcha nke anọ gosiri na iwe ndị nkụzi nwere ezigbo ọzụzụ/mmụta n' ọrụ ga-kwalite ọmụmụ abụ ederede Igbo. Ndị nkụzi nwere ezigbo ọzụzụ ịmmụta mara oge ụmụakwụkwọ dị njikere maka ọmụmụ abụ ederede Igbo, ndị nkụzi nwere ezigbo ọzụzụ/mmụta mara usoro na nka kacha mma e ji akụziri ụmụakwụkwọ abụ ederede Igbo. Ha ga-eme ka ụmụakwụkwọ nwe mkpali mmụọ maka ọmụmụ abụ ederede

Igbo. Ha ga-ebido na abụ dị mfe gaa na nke adịghị mfe. Ha na-ewepụta oge maka ikụzị abụ ederede Igbo Ọsịsa ha gosiri na ihe ndị a niile edapụtara ga-enye aka kwalite abụ ederede Igbo n' ogo sinio sekọndiri dị na zonu mmụta Nsụka.

Nchọcha a dabara na nke Ebe (2004) nke kọwara na mmadụ anaghị enye onye ọzọ ihe ọ na-enweghị. Nke a bụ eziokwu n' ihi na tupu mmadu akụzịe ihe ọ ga-ama ihe ọ chọrụ ịkụzi maka ya nke ọma, ma na ọ bụrụ na onye nkụzi enweghi ọzụzụ banyere abụ ederede Igbo nkụzi na ọmụmụ abụ ederede ga-abụ nsogbu nye onye nkụzị na ụmụakwụkwọ.

**Mkpokota**

Nchọcha a gosipụtara ụzọ dị iche iche a ga-esi kwalite ọmụmụ abụ ederede Igbo n' ogo siniọ sekọndịrị di na zonu mmụta Nsụka nke steeti Enugwu. Site n' ụdị ngwa nkụzi eji akụzi abụ ederede dịka ngwa nkụzị kọmpụta. Ngwa nkụzị kọmpụta ga-enye aka kwalite nkụzị na ọmụmụ abụ ederede Igbo. Nchọcha a gosipụtara na usoro nkụzi mmemme ga-akwalite ọmụmụ abụ ederede n' Igbo. Usoro dịka ọgụgụ ngụpụta onye nkụzị ga-agụpụta ihe ma kpọlite ụmụakwụkwọ n' otu n' otu ka ha gụgharịa ihe ọ gụpụtara. Nchọcha gosikwara na nka ekwumekwu dị iche iche ga-enye aka kwalite omụmụ abụ ederede Igbo dịka stie n' ige ntị na redio nke ga-eme ka ha mụta ka esi akpọpụta okwu ụfọdụ di iche iche nke ọma.

Ọzọ kwa nchcha gosiri na iwe ndị nkụzi nwere ezigbo ọzụzụ/mmụta na ọrụ ge-akwalite ọmụmụ abụ ederede Igbo maka na onye nkụzi nwere ezigbo ọzụzụ/mmụta mara ụzọ kacha mma ọ ga-agbaso na nkụzi na ọmụmụ abụ ederede Igbo.

**Ntụnye Aro**

1. Gọọmentị ga-ekwepụta agụmagụ n' asụsụ Igbo nke abụ bụ otu ngalaba n' ime ya ka ọ dị ka nke asụsụ bekee.
2. Gọọmentị ga-agba mbọ hụ na ngwa nkụzị kọmpụta dị na ụlọakwụkwọ sekọndịrị niile.
3. Gọọmentị ga-agba mbọ hụ na ha nwere ndị na akụzi agụmagụ iche ka ọ ghara I bụ ndị nkụzi asụsụ Igbo na-akụzi agụmagụ nke abụ bụ otu nglalaba n' ime ya.

4. Gọọmentị tumadị ụlọakwụkwọ dị iche iche ga-agba mbọ na-enye ụmụakwụkwọ ndị mere nke ọma n'ule agụmagụ ihe nrite dị iche iche.

**Mmechi**

Nchọcha a lebara anya n' ụzọ dị iche iche a ga-esi kwalite ọmụmụ abụ ederede Igbo n' ogo siniọ sekọndịrị dị na zonu mmụta Nsụka, steeti Enugwu.

Nchọpụta nchọcha a gosiri na ngwa nkụzi kọmpụta dị oke mkpa na nkụzi na ọmụmụ abụ ederede Igbo, ọ bụrụ na onye nkụzi ejiri ngwa nkụzi kọmpụta na-akụziri ụmụ akwụkwọ abụ ederede Igbo na ọ ga-eme ka nkụzị na ọmụmụ abụ ederede dị mfe ma dowanye anya.

Usoro nkụzi mmemme bụ ụzọ ọzọ dị mkpa na nkụzi na ọmụmụ abụ ederede Igbo. Nchọpụta nchọcha gosiri na ọ bụrụ na onye nkụzi ewebata usoro nkụzi mmemme dị iche iche mgbe ọ na-akuzi abụ ederede Igbo na nke a ga-eme ka ụmụakwụkwọ sonye n' ihe ọmụmụ ma ghọta ihe onye nkụzi na-ekwu nkeọma.

Ọzọ kwa nchọpụta nchọcha a gosiri n nka ekwumekwu ga-enye aka kwalite ọmụmụ abụ ederede Igbo n' ogo siniọ sekọndịrị. Ọ bụrụ na onye nkụzi ewebata nka ekwumekwu di iche iche oge ọ na-akụzi abụ ederede Igbo na ọ ga-eme ka ụmụakwụkwọ ghọta nkụzi ya nkeọma.

Iwe ndi nkụzị nwere ezigbo ọzụzụ/mmụta na-ọrụ bụ ụzọ ọzọ a chọpụtara na nchọcha a ga-enye aka kwalite ọmụmu abụ ederede Igbo n' ihi na ndị nkụzi nwere ezigbo ọzụzụ/mmụta mara ụzọ kacha ma eji akuzi abụ ederede Igbo.

**Edensịbia**

Agbedo, C. U. (2000). *General linguistics: An introductory research.* Nsukka: ACE Resources

Agbo, E. C. & Ozo, A. L. (2016). Etu a ga-esi kwalite nkụzi na ọmụmụ ejije ọdịnaala Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị na Nsụka ọban.Unpublished B.Ed. project,. Department of Arts Education, University of Nigeria, Nsukka.

Amakwe, E. J., Nwachukwu, C. N., & Nwagbara, U. K. (2016). Nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ọmụmụ abụ Igbo n'ụlọakwụkwọ junịọ sekọndịrị dị n'okpuru ọchịchị Bende nke Steeti Abịa. Unpublished B.Ed. project, department of Arts Education, University of Nigeria, Nsukka.

Anozie, C. C. (1999). *Lingwistiki: Sayensị asụsụ*. Nsukka: Fulladu Publishing Company.

Anozie, C. C. (2001). *Ntọala ụtọasụsụ Igbo na edemede.* Nsukka: Amazing Grace Printing Company.

Chomsky, N. (1957). *Syntactic structures*. The Hague: Mouton.

Ebe, A. E. (2004). *Nka nkụzi Igbo maka ụlọakwụkwọ praịmarị na junịọ sekọndịrị skul.* Nsụkka: Chuka Educational Publishers.

Eze, S. O. & Agbo, E. (2014). Etu a ga-esi kwalite ọmụmụ asụsụ Igbo. Unpublished B.Ed. project, Department of Arts Education, University of Nigeria, Nsukka.

Ikekeonwu, C. I. (1987). *Igbo dialect clusters: A classification*. University of Nigeria, Nsukka. Linguistics Department Seminar Paper.

Maduakor, O. (1991). *Introduction to poetry.* Nsukka: Fulladu Printing Company.

Mba, B. M. (2001). *Introduction to linguistics*. Nsukka. J. F. C. Limited.

Ndudim, C. (2003). Towards an Inclusive Mother Tongue for Hearing Impaired. *Journal of Nigeria Association of Journalist*. Ibadan: HAD HOH 34-41.

Nduka, C.A. & Ugwuoke, U.J. (2013). Nsogbu dị n'ịkụzi na nghọta abụ n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị dị na Nsụka. Unpublished B.Ed project, department of Arts Education, University of Nigeria, Nsukka.

Nwaozuzu, G. I. (2008). *Dialects of Igbo language.* Nsukka: University Press.

Nwodo, C. S. (2008). *Applied English linguistics: An introductory approach*. Enugwu: Liben Press.

Nworgu, B. G. (2016). *Educational research (3rd ed.).* Nsukka: University Trust Publishers.

Ogbe, N. G. (1995). *Fundamentals of literature: Comparative approach to literary appreciation.* Enugwu: John Best Publishers.

Ogbu, L.C. (2017). Adịmire kọmpụta na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'agụmagụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị ukwu na zonu mmụta Ishielu na steeti Ebọnyi. Unpublished M.Ed Dessertation, Faculty of Education, University of Nigeria, Nsukka.

Okafo (2001). *Starting with computers.* Enugwu: Immaculate Publishers.

Okafo, S. O. (2008). *Akanka n'agụmagụ Igbo: Ederede na ọdịnaala*. Enugwu: John Best Publishers.

Okebalama, C. N. (2003). *Mkpọlite agụmagụ ọnụ*. Nsukka: Snap Press.

Onuh, C. N. (2014). Nsogbu a na-enwe na nkụzi na ọmụmụ abụ n'ụlọakwụkwọ siniọ sekọndịrị dị n'okpuru ọchịchị Igbo-Eze Nọọtụ nke Steeti Enugwu. Unpublished B.Ed. project, department of Arts Education, University of Nigeria, Nsukka.

Onwuka, G. T. (2016). Igbo Special method. Unpublished Lecture Note. University of Nigeria, Nsukka.

PPSMB (2018). Enugu State Students' Population. Statistical Unit. Nsukka.

Ugwuona, C. N. (2015). *Ntọala na isiokwu ụfọdụ na fonọlọji Igbo*. Nsukka: University of Nigeria, Press.

# Ụfọdụ Nkọmịrịnkọ Nnamdi Azikiwe (ZIK) N'ala Igbo

**Nke Si N'Aka**
**Ihedigbo Ruth Ebere**
Ngalaba Lingwistics na Asụsụ Igbo nke Mahadum Naijirịa Nsụkka.
ebere.ihedigbo@unn.edu.ng, ebereihedigbo@yahoo.com
08034722818

**na**

**Okey-Agbo, Ndidi**
Ngalaba Lingwistics na Asụsụ Igbo nke Mahadum Naijirịa Nsụkka.
08061271905, jacinta.okey-agbo@gmail.com

**Ụmịedemede**
Nchọcha a lebara anya na nkọmịrịkọ ụfọdụ a na-akọ gbasara Zik n'ala Igbo. Ebumnuche nchọcha a bụ ichọpụta eziokwu ma ọ bụ ugha dị na nkọmịrịkọ ndị a. O ji atụtụ nkọmịrịkọ nkendoko tuchaa data. Nchọpụta nchọcha a gosiputara ụfọdụ nkọmịrịkọ e nwere n'ala Igbo gbasara Zik dika Zik na mmụọ mmiri nke osimiri Benue, Zik na nwaanyị na-arọ ụkwụ, Zik na oche ntọ, Zik na ndị ogbu isi na Zik na pawuda abalị Satodee. Nchọcha a chọpụtara na e nwere ihe gosiri na ụfọdụ nkọmịrịkọ ndi a bụ eziokwu ebe ụfọdụ enweghi ihe ngosi ọbụla. Nchọcha a gosiri na mmadụ ọbụla nwere akụkụ abụọ ma gosikwa na nkọkịrịkọ niile a na-akọ maka Zik, o nweghi nke ọ chọrọ okwu ma ọ bụ ikpe mara ya. Nchọcha gosikwara na nkọmịrịkọ bụ otu ụzọ e ji eji agụmagụ ọnụ arụ ọrụ dị egwu bara uru n'ala Igbo.

**Abstract**
This paper undertakes the study of myths related to Zik in Igbo land. The objective of the study is to find out the truth or falsehood behind these myths. It adopts the structural theory of myth as its theoretical framework. It x-rays some myths about Zik in Igbo land such as Zik and the mermaid of the Benue River, Zik and the limping woman, Zik and the gummy chair, Zik and the assassins, Zik and the Saturday night powder. The study reveals that while there are evidences to prove that some of the myths are true, some

have no empirical evidence. It also reveals that every human has two sides of life and that Zik in all the myths was never guilty of any offense. The study also reveals the function of literature as a means of entertainment.

**Ntọala Nchọcha**

Ikwu na Nnamdi Azikiwe nwụrụ anwụ bụ odogwu n'ala Afrịka gbaa gburugburu ọ kachasị ala Igbo bụ ala nna ya abụghị okwu nkwufe. Aha mkpọbiri ya n'ala Igbo bu Zik. Na nchọcha a, anyị ga-ejikari aha mkpọbiri a rụọ ọrụ. Ọ bụ eziokwu na Zik anwụọla mana ihe ndị o merela e ji echeta ya n'ala Igbo nakwa n'ala Afrịka gbaa gburugburu juru eju bara abara. Ọ dị mkpa na anyị kara akara na-egosi ndịiche dị na Zik dịka onye isi mbụ nke ala anyị bụ Naijiria na Zik nke anyị na-akọ nkọmịrịkọ ya. Zik dịka onye isi ala anyị nke mbụ bụ nwoke topuru etopu, jie nji, maa mma ma zuo oke na nwoke. Ọ na-eyikari uwe nke ndị bekee kpọrọ suutu ma ọ na-aga obodo oyibo ma na-eyikwa agbada mgbe o nwere ihe ọgbakọ nke obodo ma ọ bụ otu. Ọ hụrụ ala Afrịka ọ kachasi Naijiria n'anya bụ ihe kpatara o ji gbaa mbọ hụ na Naijiria kwụụrụ onwe ya n'afọ 1960. Zik nke anyị chọrọ ileba anya na nkọmịrịkọ ya bụ ndụ ime Zik nke ndị mmadụ ọ kachasị ndị Igbo jirila kụọ akụkọ dị iche iche ma kwenyekwa nakụkọ ndị ahụ nke mere ụfọdụ ndị Igbo ji ekwu na Zik bụ mmadụ mmụọ. Ihe kpatara nkenye a bụ na akụkọ na-akọ etu Zik si merie ọtụtụ ndị mmadụ ma ndị ọcha, ndị isi ojii nakwa ụmụ mmụọ. Nwala (1985:81) kwenyere na e nwere mmadu bụ mmụọ. Ọtụtụ nkọmịrịkọ gbasara Zik mere nchọcha a jiri kwado ihe Nwala (1985:81) kwuru kwenyekwa na Zik bụ mmadụ mmụọ.

Nkọmịrịkọ dịka Encyclopaedia Britannica, vol 8, (1988:470) sị kọwaa ya bụ akụkọ, nke nsiripuru ya edoghi anya na-akọwa maka ihe mere eme ma ọ bụ ihe na-eme eme n'ụwa. Na nkọwa nke anyị, anyi ga-akọwa nkọmịrịkọ dịka akụkọ nkwenye mgbe ochie na-akọwa maka ihe ndị na-eme eme. Nkọmịrịkọ na-esi n'aka nna fee n'aka ụmụ na ụmụ ụmụ ha. Otu njirimara nkọmịrịkọ dịka ọ dị n'agụmagụ ọnụ ndị ọzọ bụ na ọ na-enwe mgbanwe na nkọpụta ya.

Nkọmịrịkọ dị adị n'ala Igbo tupu a mụọ Zik. Emenyeonu (1976:1) kwenyere nke a ma kwuo na n'akụkọ ifo na nkọmịrịkọ n'ala Igbo, mma na-emeri njọ, eziokwu na-emeri asị, ezindụ na emeri arụrụala. N'ịkwado nke a, Ọnwụbiko (1991:3) kwuru na ụwa

ndị Afrịka bụ ụwa mmadu, anụmanụ na mmụọ. Ihe kpatara okwu a bụ na o kwenyere na site na ntọala ndị Igbo, e nwere ọtụtụ nkọmịrịkọ na nkọkịrịnkọ dị iche iche gbasara ụmụ mmadụ, ụmụ mmụọ na ụmụ anụmanụ.Nkọmịrịkọ anyị na-eleba anya na nchọcha a bụ nke mmadụ-Nnamdi Benjamin Azikiwe.

**Atụtụ e ji arụ ọrụ**

Na nchọcha a, anyị ga-eleba anya n'atụtụ dị iche iche e nwere ike iji rụọ ọrụ gbasara nkọmịrịkọ. Ụfọdụ atụtụ ndị ahụ bụ:

**i. Atụtụ nkọmịrịkọ kenkọwa**

Ụdị atụtụ a na-akọwa na ọrụ nkọmịrịkọ bụ ịkọwapụta ihe kpatara ihe ji dịrị etu ọ dị n'ụwa taa. Ụdị nkọmịrịkọ a na-akọwa ọtụtụ ihe gbasara akụkọ ya mere na ihe kpatara ụfọdụ ihe na-eme n'ụwa taa ji eme dịka ihe kpatara na mmadụ na-anwụ anwụ taa. Nkọmịrịkọ a na-ekwenye na ọ bụ chi dị iche iche na-eme ka ihe niile na-eme na ndụ mmadụ na-eme. Ọ bụ eziokwu na Chukwu keputara mmadụ n'ụwa a, e ji nkọmịrịkọ kenkọwa akọwapụta ihe kpatara ọtụtụ ihe na-eme na ndụ mmadụ ji eme.

**ii. Atụtụ nkọmịrịkọ keọrụ**

Atụtụ nkọmịrịkọ keọrụ na-akọwa etu e si eji nkọmịrịkọ dị iche iche dozie obodo n'ala Igbo. Ụdị nkọmịrịkọ a na-akọwa ihe ndị e kwesiri ime nke ndị Igbo na-anabata na ihe ndị a na-ekwesighị ime bụ nke ndị Igbo na-anaghị anabata. Atụtụ a kwenyere na e ji nkọmịrịkọ edozi obodo n'ụzọ dị iche iche. Obodo ọbụla kwenyere ma na-akọwapụta nkọmịrịkọ a anaghị enwekabe mpụ na nnupuisi a na-enwe n'obodo ndị ọzọ na-ekwenyeghi na nkọmịrịkọ a.

**iii. Atụtụ nkọmịrịkọ nke nsinubụrụ**

Atụtụ nkọmịrịkọ a na-akọwa ka nkọmịrịkọ si metuta ụbụrụ na echiche mmadụ. O kwenyekwara na ọ bụ site n'ụbụrụ amaghị ama (subconscious mind) ka nkọmịrịkọ niile e nwere n'ụwa a si toputa. O kwenyere na ihe mere ọtụtụ nkọmịrịkọ dị n'ebe dị iche iche ji yie onwe ha bụ maka na ọtụtụ ndị n'ebe dị iche iche na-agabịga ihe yiri ibe ya. Atụtụ a kwenyere na ọ bụ n'ihi na nkọmịrịkọ si n'ụbụrụ mere e ji nwee ihe ọkpụ dị iche iche n' ụwa niile gbaa gbụrụgbụrụ.

**Atụtụ ihe ndị e merela gbasara isiokwu**

Ikwubuzo (2006) mere nchọcha gbasara ndịiche dị na nkọmịrịkọ okike n'ala Igbo. Usoro o ji họpụta ọnụọgụgụ ndị mmadụ o ji mee nchọcha bụ usoro tụmbọm tụmbọm. Nchọcha ya gosiri na ihe na-akpata ndị iche ndị a bụ n'ihi na ọ bụ n'ọnụ ka a na-akọputa nkọmịrịkọ ndị a. Ihe ọzọ ọ chọpụtakwara na-ebute ndịiche ndị a bụ akanka ndị nkọpụta. O kwuru na ebe ndị nkọpụta nwere akanka dị iche iche, na ha na-emekwa mgbe ụfọdụ webata akanka ha na nkọmịrịkọ ha. Nchọcha abụọ a yiri n'ihi na ha na ekwu maka nkọmịrịkọ mana ndịiche ha bụ na ọrụ a na-akọ maka otu onye mana Ikwubuzo (2006) na-akọ maka nkọmịrịkọ ala Igbo.

Ekeke na Ekeopara (2010) mere nchọcha gbasara chi-ukwu, chinta na mmụọ dị iche iche. Ebumnuche ọrụ a bụ ịchọpụta etu ndị Afrịka si ahụta chi ndị a ma na-efekwa ha ofufe ebe ọ bụ na ndị mba ndị ọzọ na-ahụta ndị Afrịka dika ndị anaghi efe chi ọbụla ofufe. Nchọcha a chọpụtara na ihe gbasara chi ndị a abụghị ihe ọhụụ nye ndị Afrịka kama na ha na-ahụta obere chi ndị ọzọ na mmụọ dị iche iche dịka ndị na-ejere chi-ukwu ozi. Nchọcha ya gosikwara na ndị mba Afrịka kwenyere na chi nchekwa. Ha kwenyere na mmadụ ọbụla Chukwu kere eke nwere chi nchekwa na-edu ya. Nchọcha anyị na nke Ekeke na Ekeopara (2010) chọwara iyi n'ihi na ha na-akọwa maka ihe gbasara ihe karịrị mmadụ nkịtị dịka chi. Ebe ha nọrọ diwaga iche bụ na ebe nchọcha a na-eleba anya na nkọmịrịkọ Zik, nke Ekeke na Ekeopara lebara anya na chi-ukwu, chinta na mmụọ dị iche iche.

Akaeze (2010) lebara anya na nkọmịrịkọ ala anyị Naijịrịa dịka ihe e ji edozi obodo. Ihe bụ ebumnobi nchọcha a bụ ịchọpụta ụrụ na ọghọm dị na nkọmịrịkọ ala anyị Naijịrịa. Nchọcha ya jiri atụtụ arụmọrụ tụchaa data. Nchọcha a tụchara nkọmịrịkọ ndị a họpụtara na agbụrụ atọ na Naijịrịa. Nchọcha a chọpụtara na nkọmịrịkọ na-arụ ọrụ dịka odozi obodo n'otu aka ma na-ebutekwa nsogbu n'aka nke ọzọ. Ndịịche dị na nchọcha Akaeze (2010) na nke anyị bụ na Akaeze (2010) mere nchọcha n'uru nkọmịrịkọ bara ebe nchọcha nke a na-akọ maka odogwu nwoke bụ Zik. Nchọcha abụọ a yiri n'ihi na ha abụọ na-akọcha maka nkọmịrịkọ.

Jaja (2012) lebara anya na nkọwa nkọmịrịkọ n'Afrịka dịka o si metuta mhụrụ ụwa ha. Ebumnuche nchọcha ya bụ ịchọpụta ihe jikoro nkọmịrịkọ ndị Afrịka na mhụrụ ụwa ha. Ọrụ a chọpụtara na nkọmịrịkọ na-anọchịta anya mmụọ ndị Afrịka na mhụrụ ụwa ha. Ihe

kpatara nke a bụ na nkọmịrịkọ na-egosiputa ka ụwa dị, ya na ihe niile dị ya n'ime. Nchọcha ya gosikwara na nkọmịrịkọ bara ọtụtụ uru n'ala Afrịka dịka idozi ma ọ bụ imezi omenaala nna nna anyị ha, mmekọrịta mmadụ na ibe ya na ihe ndị ọzọ. Myiri dị na nchọcha Jaja (2012) na nchọcha nke a bụ na ha abụọ na-akọwa ihe gbasara nkọmịrịkọ mana ndịiche dị na ha abụọ bụ na ebe Jaja (2012) na-akọ maka nkọmịrịkọ dịka o si gbasata mhụrụ ụwa ndị Afrịka, nchọcha anyị na-eleba anya na nkọmịrịkọ nke gbasara mmadụ-Zik.

Ekwobi, Osuora, Ndu, Ifediora, Asinobi na Eke (2016) mere nchọcha gbasara etu nsọ nrị na nkọmịrịkọ ha n'ala Igbo si metuta ọnọdụ ụmụ nwaanyị dị ime. Ihe ebumuche ha bụ kpọmkwem na nchọcha a bụ ịchọpụta etu nsọ nri n'ala Igbo si ebutara ụmụ nwaanyị dị ime na ụmụaka erịzughi nri oke. Nchọcha a jiri nhọpụta mkpachara anya họpụta ndị e ji mee nchọcha. Nchọcha a gosịrị na ejụla na anụ nchị bụ anụ ụmụ nwaanyị dị ime na-asọkarị n'ala Igbo n'ihi nkwenye ha nwere na anụ ejụla ga-eme nwatakịrị adịghị gara gara ebe anụ nchị ga-eme ka ime omume nye nwaanyị dị ime nsogbu. Ha chọputakwara na akwa bụ otu ihe a na-awọ ụmụaka n'ala Igbo n'ihi nkwenye ha nwere na nwatakịrị na-eri akwa ga-amụta izu ohi n'ihi ụtọ akwa ahụ. Nchọcha anyị na nke a yiwere n'ihi na ha abụọ lebara anya n'ihe gbasara nkọmịrịkọ mana ha abụọ dị iche n' ihi na nchọcha anyị na-akọ maka nkọmịrịkọ mmadụ ebe nchọcha nke ndị a na-akọ maka nkọmịrịkọ nri.

### Atụtụ ntụcha data

Atụtụ nkọmịrịkọ a ga-eji atụcha data anyị bụ atụtụ nkọmịrịkọ kendoko. Atụtụ a na-egosi na mmadụ ọbụla Chukwu kere eke nwere akụkụ abụọ. Mgbe ụfọdụ anyị ga-ahụta ezigbo onye ohi a zụrụ azụ ebe ọ na-akpaso nne ya, ụmụnne ya nakwa ndi ọzọ agwa ọma. Atụtụ a na-akọwa na mmadụ ọbụla nwere mma na njọ n'ahụ ha kamgbe Chukwu jiri kee ha.

### Ụfọdụ nkọmịrịkọ gbasara Zik n'ala Igbo

### Zik na mmụọ mmiri nke osimiri Benue

Akụkọ kọrọ na mgbe a na-achọ ịrụ akwammiri Benue, mmụọ mmiri nwe ma birikwa na mmiri ahụ ekweghi ka nke a mee. Ndị ọrụ *Nigerian Railway* rịọrọ ya arịrịọ otu ha nwere ike chukwaa aja etu ha nwere ike mana mmụọ mmiri ahụ ekweghi. Ha gbaa isi

Asụsụ Igbo bụ asụsụ epum nke ndị a na-akpọ Igbo. Ndị a bụ ndị bi na mpaghara ọwụwa anyanwụ Naịjiria. Asụsụ Igbo bụ asụsụ a na-ede dịka e si asụ ya. O nwechakwara ngalaba dị iche dịka ntọala asụsụ nke ndị mmadụ na-akpọ ụtọasụsụ, nwee Omenaala na Agụmagụ n'ime ngalaba dịgasị iche iche n'ime ha iji kọwamie ha nke ọma. Ohiri (2004) kọwara asụsụ epum dịka asụsụ e jiri mụọ nwata, na nke o pulitere n'ime ya. O kwukwara na ọ bụ asụsụ mbụ nwata mụtara na ndụ ya; nke o ji akparịta ụka ma na-enwekwa mmekọrịta, ya na mmadụ ndị dị na gburugburu ya. *Oxford Advanced Learners Dictionary* (1995) kwukwara na asụsụ epum bụ 'agwa nwata nwetara ma ọ bụ nke ọ mụtara n'aka nne ya ma ọ bụ n'aka ndị obodo ha'. Mana e tere ụgba e tere azụ, asụsụ epum bụ asụsụ chi nke sitere n'ọnụ nne nwata bụ nke nwata na-anụ mgbe niile. Asụsụ epum bụ ihe e jiri mara onye. Ọ bụ asụsụ epum na-egosi agbụrụ onye si bịa. Ọ na-egosi ụdịdị mmadụ na njirimara ndị

site n’agwa onye na-akpa. Asụsụ epum nwekwara nke ndị Igbo haziri ka ọ bụrụ nke onye ọ bụla ga-asụ ma edewe Igbo n’akwụkwọ ka o were kwe onye ọ bụla nghọta. Maka na asụsụ epum dị n’ụdị n’ụdị dịka Nwadike (2002:8) si kọwaa ya dịka epum nke ‘Ịká’ (ụkwanị na Enuanị) nke a na-asụ n’akụkụ Bini. E nwekwara olu ndị Ọnịcha, Ọlụ, Owere, Nsụka, Ụmụahịa na Abakeleke nke bụ nke a na-asụ na steeti Anambara, Imo, Enugwu, Abịa na Abọnyị. E nwekwazịrị epum nke Ikwere-Eche nke steeti Rivas.

> Ohiri (2004) kwuru na kemgbe ihe dịka afọ 1940 ka a malitere kụziwe Igbo n’ụlọakwụkwọ ndị sekọndịrị, e nweela ọtụtụ mgbanwe n’ihe gbasara nkụzi na ọmụmụ ya. Ụfọdụ mgbanwe ndị a metụtara ọnụọgụgụ na ụdịrị ụmụakwụkwọ na-amụ ya. Ntụanya na mbunuche nkụzi ya, na kwa ụdịrị ule na nnwale a na-enwe na ya.p1

Ohiri mekwara ka a mara na mgbe nkuzi Igbo malitere na ọ bụ naanị n’ụlọakwụkwọ abụọ bụ *Dennis Memorial Grammar School* (D.M.G.S), Ọnịcha ya na *Methodist Institute*, Uzuakọlị ka a na-akụzi Igbo. Mgbe ahụ ọ dịghị n’iwu ikuzi Igbo n’ụlọakwụkwọ niile wee ruo n’afọ 1977 oge gọọmenti etiti jiri tie ya ka iwu na ụmụakwụkwọ sekọndịrị niile ga-amụ asụsụ epum n’ụlọakwụkwọ sekọndịrị. Mgbe ahụ ka e jiri bido kuziwe asụsụ Igbo dịka asụsụ epum n’ụlọakwụkwọ sekọndịrị niile n’ala Igbo. Mana ọtụtụ ụmụaka Igbo achọghị ịmụ asụsụ Igbo. Ilebaa anya na nke bụ eziokwu, a ga-ahụ na ndị ukwu dị iche iche bụ ndị ọkammụta Naịjiria bụkwa asụsụ Igbo du ha gaa mba dị iche iche n’ụwa a.

Ihe dịka oge ugbu a, asụsụ Igbo bụzị ihe a na-amụ na Mahadum ala anyi iji mee ka asụsụ a gaa n’iru. Ihe ka mkpa bụ inwe ọtụtụ ndị nkụzi maara ihe ha na-eme n’asụsụ Igbo ka ha gbaa akpaaka ume ịhụ na asụsụ Igbo kwụ chịm chịm ruo oge a chọrọ ka o ruo. Mana dịka Ohiri (2004) si kwuo na nsogbu dị n’inwe ụdịrị ndị nkụzi a bụ na e nweghị akwụkwọ nrụtụaka ndị e dere n’Igbo maka ọzụzụ ndị nkụzi Igbo, ma bakwaa uru dịka akwụkwọ nrụtụaka nye ndị ọ bụla na-akụziri ụmụafọ Igbo asụsụ ha dịka asụsụ epum. Mana dịka ọ dị ugbu a, e nweela akwụkwọ nrụaka na-enye aka ikuzi asụsụ Igbo ma ọ bụ Igbo dịka asụsụ epum (L 1) ma ọ bụ Igbo dịka asụsụ

nke abụọ (L 2). Usoro e ji akụzi ha abụọ abụghị otu dịka a na-ahụ na Mahadum Nsụkka na ngalaba School of General Studies (SGS).

**Ezi gbara atọ**

Ezi bụ ụzọ mmadụ si aga ma ọ bụ 'ọnọdụ'. 'gbara' bụ ngwaa na-egosi ihe o kwuru na-achọ ikọwa. 'Atọ' bụ ọnọdụ mgbagwoju anya nke bụ na odee ma ọ bụ okwuu amaghị ihe ọ ga-eme. E nwere ike ịkpọ ya; ọnọdụ gbara gharịị, jewe ejewe adịghị nso, ma lawa alawa adịkwaghị nso. Ọnọdu ahụ bụ ọnọdụ onye nọ n'ime ya ga-agba mbọ sowe nke ga-eweta ọ ganiihu na ọṅụ; ọ bụrụgodu na ụzọ ahụ siri ike ịga. Ezi gbara atọ oge ụfọdụ na-abụ ọnọdụ mmadụ anaghị enwe mkpebi ọsọ ọsọ n'ihi na ọ maghị nke ga-agazi agazi.

**Nkanụzụ**

Nke a bụ nchọpụta nke gbara mmadụ gharịị bụ nke oyibo wepụtara iji mee ihe n'ụzọ dị mfe. Nkanụzụ na-enye aka n'ọganiihu nke ụwa na-achọ inwe ma na-enyekwazi aka ime asụsụ ka ọ tọọ atọọ. https://www.dictionary kọwara nkanụzụ dịka ngalaba amamiihe nke na-ahụ maka okike na iji akụrụ ngwa amamiihe dịka ha siri metụta ndụ, obodo, ya na akụkụ anyị bi na-adọrọ ihe ọmụmụ esereese, ndị na-ahụ maka nchọpụta dị iche iche wee dịrị gawa. Ụwa taa esila n'oge brọnzụ, gata n'oge igwe wee banye n'oge igwe amamiihe nke ndị bekee na-akpọ 'computar' bụ mgbe igwe na-eche echiche karịa ka mmadụ ga-eche ma mee ka e nwee ụsa nye ihe ọ bụla a chọrọ ịma. Ọ bụ nkanụzụ mere e jiri nwee igwe na-enyocha ime ahụ mmadụ nke ndị bekee na-akpọ *ultra sound*, *MRI*, *CAT scans* ya na ngwa ndị ọzọ na-enyocha ime ahụ mmadụ ma kọwaa ya nke ga-eme ka ndị dibịa oyibo nwee ike iji ya rụọ dị ike n'ahụ mmadụ. Nkanụzụ nwekwere igwe na-akọwa okwu site n'asụsụ gaa n'asụsụ ọzọ.

**Ọgbara ọhụrụ**

Nke a bụ ihe a dịbughị n'oge mbụ bụ nke a na-eme ugbu a. Ọgbara ọhụrụ dị n'ụdị na ụdị. E nwere ụmụ ọgbara ọhụrụ bụ ndị ntorobịa. Omume na echiche ha eyighị nke ndị mgbe ochie. Ha na-ahụta ndị mgbe ochie dịka ndị eruchaghị ogogo ha kwerịrị iru n'ihi

asaheghị anya dịka o siri kwesị. A bịakwa n'ihe gbasara okwu akpụ n'ọnụ bụ nkanụzụ ya na igwe amamiihe bụ cọmputa, ihe ndị a bụgasị ọgbara ọhụrụ n'ihi na ọdịbughị n'oge gara aga. Ọ bụ ya kpatara o ji esi ike n'ihi na a maghị anya ya. Obodo mepere emepe ndị malitere jiri ya rụwa ọrụ enweghị nnukwu nsogbu dịka ndị amaghị ihe ọ bụ. Otu a ka ọ dị ndị okenye bụ ndị gụrụ akwụkwọ mgbe gboo oge e jighị igwe cọmputa agụ akwụkwọ. Ihe gbasara igwe cọmputa na-enye ha nsogbu n'iji ya gụọ akwụkwọ n'ihi na e jighị ya zụọ ha. Ụmụ ntakịrị bụ ndị maara nke a nke ọma a na-ahụ ha dịka ndị na-amaghị ihe.

**Ajụjụ nchọcha**

Ajụjụ nchọcha a ka ajụrụ iji wepụta ụsa nye isiokwu a

1. Kedụ otu asụsụ Igbo si nọrọ n'ezi gbara atọ na senchụrị nke iri abụọ na otu nke Naijiria?
2. Kedụ otu a ga-esi merie nsogbu a asụsụ Igbo nwere n'ihe gbasara nkanụzụ ya na igwe amamiihe na senchụrị nke iri abụọ na otu nke Naijiria?

**Ụma okwu efu**

**Ụ O. 1** Onweghị ihe dị iche n'etiti ndị nkuzi na ụmụakwụkwọ n'ebe asụsụ Igbo nọ na nkanụzụ na senchụrị nke iri abụọ na otu

Ụ O. 2 Onwere otu a ga-esi gboo mkpa gbasara nkanụzụ n'ezi gbara atọ n'oge igwe amaiihe/computa na senchụrị nke iri abụọ na otuNaijiria.

**Usoro Nchọcha**

Nchọcha nkọwa ka e jiri mee nchọcha a nke gbadoro ukwụ n'ihe Nwọọgụ (2006) kọwara na mnyocha dịka ụzọ e ji enweta ngwa nchọcha nke ndị nchọcha ji eme mnyocha nke gbasara ufọdụ ọnụọgụgụ nke ga-anọchite anya mmadụ niile.

Nsere na usoro nsere e ji mee nchọcha a bụ nke ama ama sere iji nọchite anya ndị nkụzi niile na ụmụakwụkwọ niile nọ na

Nsụka Edukshọn Zonu. Ebe ndị nkụzi dị iri mmadụ isii na ise (65) ma ụmụakwụkwọ dị out narị na iri mmadụ abụọ na ise (125).

Ngwa nchọcha kewara ụzọ abụọ (A na B). Ebe nke ‘A’ na-ajụ ajụjụ maka onwe mana ngalaba ‘B’ bụ njụmaaza a haziri n’usoro ọsaa ga-ahọrọ nke o kpebiri ka mma. Ajụjụ nchọcha a dị iri abụọ. Mpaghara nke mbụ na-ekwu maka otu asụsụ Igbo siri nọrọ n’ezi gbara atọ n’ihe gbasara nkanụzụ ya na igwe amamiihe na senchụrị nke iri abụọ na otu nke Naijiria. Mpaghara nke abụọ na-ajụzị ihe a ga-eme ka ihe dị mma. E nwere nhazi anọ nke ga-egosi otu ọsa ajụjụ siri kwenye n’ihe a na-ekwu maka ya. Ekwesiri m ike (EI), Ekwere m (E), A jụrụ m (A), Ajụsiri m ike (AI) nke akara ha bụcha 4, 3, 2, 1 n’usoro ha si dị.

E nyochakwara ngwa nchọchaa hụ na ọ dabara nke ọma n’ihe a na-ekwu ebe ọtụtụ ya bụ 0.82 na 0.77 n’usoro ha.

E kere njụmaaza nye ụmụakwụkwọ sekọndịrị nke ise na ndị nkụzi Igbo n’ụlọ akwụkwọ dị n’ okpuru ọchịchị Nsụka. Nke a nyeere ndị nchọcha aka ime ngwa ngwa inweta ụsa na mnyocha nke a na-eme.

Ajụjụ nchọcha mbụ na nke abụọ bụ miin na ndịpu izugbe ka e jiri rụọ ya; ebe mgbado ụkwụ miin bụ 2.50 maka ajụjụ nchọcha.

**Ụsa Nchọcha**

**Ajụjụ Nchọcha nke mbụ**: Kedu otu asụsụ Igbo si nọrọ n’ezi gbara atọ n’ihe gbasara nkanụzụ n’igwe amamiihe/cọmputa na senchụrị nke iri abụọ na otu Naijiria?

**Tebul 1:** Miin na ndịpu izugbe nke akara ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ n’ọnọdụ asụsụ Igbo n’ezi gbara atọ n’ihe gbasara nkanụzụ n’oge igweamaiihe/cọmputa na senchụri nke iri abụọ na otu Naịjiria.

| | Ihe Nkwusa | Ndị aziza | N | Mii n | NI | M kp eb i |
|---|---|---|---|---|---|---|
| 1 | .Igwe amaiihe adighi n’ụlọ akwụkwọ anyi | Ndị nkuzi | 65 | 3.49 | .50 | E |
| | | Ụmụakwụkwọ | 125 | 3.28 | .45 | E |
| 2 | Igwe amaiihe di mana o bughi ibu | Ndị nkuzi | 65 | 2.07 | .75 | A |
| | | Ụmụakwụkwọ | 125 | 2.00 | .56 | A |
| 3 | Igwe amamiihe nke ndi enweghi akara Igbo na ya | Ndị nkuzi | 65 | 3.95 | .21 | E |
| | | Ụmụakwụkwọ | 125 | 3.52 | .50 | E |
| 4 | Ndị nkuzi anyi amaghi api igwe amamiihe | Ndị nkuzi | 65 | 3.72 | .62 | E |
| | | Ndị nkuzi | 65 | 3.49 | .50 | E |
| 5 | Obo Nkuzi Igbo adighi n’ụlọ akwụkwọ | Ụmụakwụkwọ | 125 | 3.39 | .58 | E |
| | | Ndị nkuzi | 65 | 3.63 | .48 | E |
| 6 | Ndị nkuzi e nweghi ohere iga muo otu e si eji igwe amaiihe ede akwụkwọ | Ụmụakwụkwọ | 125 | 3.38 | .48 | E |
| | | Ndị nkuzi | 65 | 3.86 | .34 | E |
| 7 | Ọtụtụ ndị nkuzi e nweghi mmasi imu | Ụmụakwụkwọ | 125 | 3.48 | .50 | E |
| | | Ndị nkuzi | 65 | 3.86 | .34 | E |

| | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|
| | ka e si eji Igwe amaiihe ede akwụkwọ | | | | | |
| 8 | Ikuku na-enye igwe amaiihe ike adighi n'ụlọ Akwụkwọ anyi | Ụmụakwụkwọ | 125 | 3.58 | .49 | E |
| | | Ndị nkuzi | 65 | 3.87 | .33 | E |
| 9 | Ndị nkuzi ndị choro imuta ka e ji igwe amamiihe Agu akwụkwọ e nweghi oge zuuru ha imuta ya. | Ụmụakwụkwọ | 125 | 3.63 | .48 | E |
| | | Ndị nkuzi | 65 | 3.56 | .66 | E |
| 10 | . Igwe ntughari nke na-ebiputa ihe ka o di n'Igbo Abaghi ụba. | Ụmụakwụkwọ | 125 | 3.40 | .60 | E |
| | | Ndị nkuzi | 65 | 3.46 | .66 | E |
| | | Ụmụakwụkwọ | 125 | 3.32 | .59 | E |
| | **Nchịkọta Miin** | **Ndị nkuzi** | **65** | **3.41** | **.19** | **E** |
| | | **Ụmụakwụkwọ** | **125** | **3.30** | **.32** | **E** |

Tebul 1 gosiri nhazi miin nke ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ n'ihe gbasara ọnọdụ asụsụ Igbo n'ezi gbara atọ n'ihe gbasara nkanụzụ na n'oge cọmputa na senchụrị nke iri abụọ na otu Naịjiria. Nke a gosiri na nhazi miin nke ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ na nkwusa 1, 3-10 karịrị 2.50 bụ nzọ miin. Nke a gosiri na ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ kwenyere na nkwusa nke 1, 3-10 dịka ọnọdụ asụsụ Igbo n'ezi gbara

atọ n’ihe gbasara nkanụzụ n’oge igwe amamiihe/cọmputa na Naịjiria na senchụrị nke iri abụọ na otu. N’ihi nke a, ndị ụsa ajụjụ ma ndị nkụzi ma ụmụakwụkwọ na nkwusa nke abụọ (2) zara n’ekwenyeghị ihe nkwusa kwuru mana ha na-akwadokwa na enweghị igwe amamiihe. Nke a mere ụsa ha dịkwa obere nye akara nzọ miin 2.50 gosiri na ndị ụsa ekwenyeghị na nkwusa 2.

**U O. 1:** O nweghị ihe pụtara iche n’ebe ndị nkuzi na ụmụakwụkwọ nọ n’ụsa ha nyere gbasara ọnọdụ nkanụzụ na cọmputa n’ebe asụsụ Igbo nọ na senchụrị nke iri abụọ na otu Naịjiria.

**Tebul 2:** bụ nhazi t-teesti nke ndịiche n’etiti miin akara ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ na mbọ a na-agba iji wepụta asụsụ Igbo n’ezi gbara atọ n’ihe gbasara nkanụzụ n’oge cọmputa na senchụrị nke iri abụọ na otuNaịjiria.

| Ndị aziza | N | Miin | NI | Ni | t-cal | uru. ( 2-tailed) |
|---|---|---|---|---|---|---|
| Ndị nkuzi | 65 | 3.41 | .19 | | | |
| Ụmụakwụkwọ | 125 | 3.30 | .32 | 188 | 1.11 | .063 |

Tebul 2 gosiri na probabiliti nke jikọrọ nchịkọ nke t (1.11) n’ihe dị iche na nhazi miin nke ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ ụzọ a ga-esi zọpụta asụsụ Igbo n’ezi gbara atọ n’ihe gbasara nkanụzụ n’oge cọmputa na senchụrị nke iri abụọ na otu Naịjiria bụ 0.063. Ebe probabiliti nke pụtara 0.063 karịrị 0.05 akara nzọ na uru, ya mere ụma okwu efu bụ ihe a na-ajụghị ajụ. Ya mere o nweghị ndịịche dị na nhazi miin ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ n’ihe gbasara asụsụ Igbo n’ezi gbara atọ na nkanụzụ n’oge cọmputa na senchụrị nke iri abụọ na otu, Naịjiria.

**Ajụjụ Nchọcha Abụọ:** Kedụ otu a ga-esi merie nsogbu a asụsụ Igbo nwere n’ihe gbasara nkanụzụ ya na igwe amamiihe na senchụrị nke iri abụọ na otu nke Naịjiria?

**Tebul 3:** Miin na ndịpu izugbe nke nhazi ndị nkụzi ya na ụmụakwụkwọ na ụzọ e si agba mbọ ịzọpụta asụsụ Igbo n'ezi gbara atọ n'ihe gbasara nkanụzụ n'oge cọmputa nke senchụrị nke iri abụọ na otu Naịjiria.

| Ihe Nkwusa | Ndị aziza | N | Miin | NI | Mkpebi | Ihe Nkwusa |
|---|---|---|---|---|---|---|
| 11 | A ga-emeka ndị na-ahu maka mmuta n'ala anyi zutawa igwe amamiihe bu ndị nwere akaraIgbo. | Ndị nkuzi | 65 | 3.64 | .67 | E |
| | | Ụmụakwụkwọ | 125 | 3.44 | .58 | E |
| 12 | A ga-emekwa ka e nwee igwe mbiputa Nke na-ebiputa asusu Igbo ma tinye ntupo | Ndị nkuzi | 65 | 3.41 | .82 | E |
| | | Ụmụakwụkwọ | 125 | 3.31 | .66 | E |
| 13 | Ndị nkuzi Igbo ga-eje ozuzu muo ka E si eji igwe amamiihe ebiputa | Ndị nkuzi | 65 | 3.38 | .86 | E |
| | | Ụmụakwụkwọ | 125 | 3.32 | .67 | E |

| | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|
| | akwụkwọ | | | | | |
| | Ndị goomenti ga-agbakwa mbo ihu na ndị nkuzi Na Ụmụakwụkwọ ga n-enwe omumu mmughari … | Ndị nkuzi | 65 | 3.73 | .44 | E |
| | | Ụmụa kwụk wọ | 125 | 3.50 | .50 | E |
| | Ndị isi ụlọakwụkwọ ga-akwado ndị nkuzi ije Ozuzu iji mata ihe ha na-eme | Ndị nkuzi | 65 | 3.27 | .94 | E |
| | | Umua kwu.. | 125 | 3.25 | .73 | E |
| | | | | | | |
| | A ga-agbakwa mbo ihu na igwe amamiihe zuru ụlọakwụkwọ niile | Ndị nkuzi | 65 | 3.72 | .57 | E |
| | | Umua kwu.. | 125 | 3.51 | .54 | E |
| | 17. Ihe gbasakwara ikuku na-eme ka | Ndị nkuzi | 65 | 3.67 | .58 | E |
| | | Umua kwu.. | 125 | 3.49 | .54 | E |

| | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|
| | igwe amaiihe Nwetawa ozi n'ebe ozo ka a ga-arunye n'ụlọakwu.. | | | | | |
| | Ndị isi ụlọ akwụkwọ niile ga-agbakwa mbo hu Na-akwadoro asusu Igbo site n'inye ha oge zuuru ha | Ndị nkuzi | 65 | 3.44 | .61 | E |
| | | Ụmụa kwụkwọ | 125 | 3.40 | .54 | E |
| | A ga-enwekwa ubochi ga-abu ubochi ndị Igbo N'ụlọ akwụkwọ niile | Ndị nkuzi | 65 | 3.49 | .86 | E |
| | | Ụmụa kwụkwọ | 125 | 3.48 | .66 | E |
| | A ga-enwe ihe agbam ume nye ndị nkuzi na Ụmụakwụkwọ ndị mere nke oma n'asusu | Ndị nkuzi | 65 | 3.70 | .55 | E |
| | | Ụmụa kwụkwọ | 125 | 3.52 | .54 | E |

| | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|
| | Igbo | | | | | |
| | **Overall Mean** | **Ndị nkuzi** | **65** | **3.55** | **.31** | **E** |
| | | **Umua kwuk w..** | **125** | **3.42** | **.33** | **E** |

Tebul 3 gosiri akara miin ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ n'ihe gbasara ụzọ a ga-esi zọpụta asụsụ Igbo n'ezi gbara atọ n'ihe gbasara nkanụzụ ya na igwe amaiihe/cọmputa na senchụrị nke iri abụọ na otu, Naịjiria. Nke a gosikwara na akara miin ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ malite na nke iri na otu ruo na nke iri abụọ (11-20) karịrị ntọ 2.50. Nke a gosiri na ma ndị nkụzi ma ụmụakwụkwọ kwenyere na nkwusa 11 ruo na 20 dịka ụzo ga-enye aka ihụ na asụsụ Igbo enweghị nsogbu n'oge a oke mmụta na-arị ibe ya enu ebe nkanụzụ dị tinyere igwe amamiihe/cọmputa na senchụrị nke iri abụọ na otu, Naịjiria.

**U O2:** O nweghị ihe dị iche n'akara miin ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ dịka na mkpebi gbasara ụzọ a ga-esi mee ka a zọpụta asụsụ Igbo n'oge a nkanụzụ tinyere igwe amamiihe/cọmputa na senchụrị nke iri abụọ na otu, Naịjiria.

**Tebul 4:** bụ nhazi t-testi nke ndịịche n'akara miin ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ n'ihe gbasara ụzọ a ga-esi gboo mkpa n'ọnọdụ asụsụ Igbo nọ n'oge a nkanụzụ na cọmputa juru ebe niile iji zọpụta asụsụ Igbo na senchụrị nke iri abụọ na otu

| Ndị azịza | N | Miin | On | Ni(Df) | t-cal | Uru. ( 2-tailed) |
|---|---|---|---|---|---|---|
| Ndị nkuzi | 65 | 3.55 | .31 | | | |
| Ụmụakwụkwọ | 125 | 3.42 | .33 | 188 | 1.06 | .079 |

Tebul 4 gosiri na probabiliti nke so mgbakọ mpụtara nke t (1.06) maka ndịiche nke akara miin ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ n'ihe gbasara asụsụ Igbo n'ezi gbara atọ n'ụzọ a ga-esi zọpụta asụsụ Igbo

n’oge nka n’uzu na igwe amamiihe/cọmputa na senchụrị nke iri abụọ na otu Naijiria bụ 0.079. Ebe mpụtara nke probabiliti bu 0.079 were karia akara ndịiche 0.05, ụma efu abụghị ihe a jụrụ ajụ. Ya mere o nweghị ihe dị iche na nkwenye akara miin ndị nkụzi na ụmụakwọkwọ gbasara ụzọ a ga-esi nyere asụsụ Igbo aka ịhụ na ọ pụtara n’ọnọdụ ọjọọ n’ihe gbasara nkanụzụ ya na igwe amamiihe/cọmputa n’ezi gbara atọ nke senchụrị nke iri abụọ na otu, Naịjiria.

**Mkparịta ụka**

Ajụjụ nchọcha nke mbụ na-ajụ si kedu otu asụsụ Igbo si nọrọ n’ezi gbara atọ n’ihe gbasara nkanụzụ na igwe amamiihe/cọmputa na senchụri nke iri abụọ na otu Naịjiria. E lebanye anya n’ụsa e nyere maka nke a, a ga-ahụ na ajụjụ iri a jụrụ iji mata ihe na-eme, gosiri na akara nzọ niile gafere bụ nke ụmụakwụkwọ na ndị nkuzi gafere nzọ 2.50 nke na-egosi na ndị azịza kwenyesịrị ike n’ajụjụ niile a jụrụ. Ajụjụ ahụ bụ: Igwe amamiihe adịghị adị n’ụlọ akwụkwọ sekọndịrị anyị, Igwe amamiihe dị mana o bughi ibu, Igwe amamiihe nke dị enweghị akara Igbo na ya., Ndị nkuzi anyị amaghị apị igwe amamiihe., ọbọ nkuzi Igbo adịghị n’ụlọ akwụkwọ anyị., Ndị nkuzi enweghị ohere ịga mụọ otu e si eji igwe amamiihe akụzi ihe., ọtụtụ ndị nkuzi e nweghị mmasị imụ ka e si eji igwe amamiihe ede akwụkwọ., Ikuku na-enye igwe amamiihe ike adịghị n’ụlọ akwụkwọ anyị., Ndị nkụzi ndị chọrọ ịmụta ka e si eji igwe amamiihe agụ akwụkwọ enweghi oge zuuru ha ịmụta ya., Igwe ntụgharị nke na-ebipụta ihe ka ọ dị n’Igbo abaghị ụba. Nchọpụta a dabara n’ihe Ejionueme (2012) kwuru na ihe ịma aka n’ihu dịịrị ndị nkụzi Igbo n’ihe gbasara nkanụzụ na igwe amamiihe/cọmputa bụ ngwa cọmputa adịghị ma nke dị ezughị oke. Onye nchọcha na-agbakwụnye na igwe amamiihe enweghị afere Igbo na ya. Nke a bụ nnukwu nsogbu dịịrị asụsụ Igbo.

A bịa n’ajụjụ nchọcha nke abụọ, bụ nke gbadoro ụkwụ n’ụzọ a ga-esi gboo mkpa gbasara asụsụ Igbo n’ezi gbara atọ n’oge nkanụzụ na igwe amamiihe/cọmputa na senchụri nke iri abụọ na otu, Naịjiria. ụsa dị  na ya bụ na: A ga-eme ka ndị na-ahụ maka mmụta n’ala anyị zụtawa igwe amamiihe bụ ndị nwere akara Igbo., A ga-emekwa ka e nwee igwe mbipụta akwụkwọ nke nwete ike ibipụta

akwụkwọ Igbo ma tinyekwa ya ntụpo ya niile., Ndị nkụzi Igbo ga-eje ọzụzụ mụọ ka e si eji igwe amamiihe ebipụta akwụkwọ ma kuziere ụmụakwụkwọ., Ndị gọọmenti ga-agbakwa mbọ ịhụ na ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ na-enwe ọmụmụ mmụgharị kwa mgbe kwa mgbe iji mee ka ọ baa onye ọ bụla n'ụbụrụ., Ndị isi ụlọ akwụkwọ ga-akwado ndị nkụzi ije ọzụzụ iji mata ihe ha na-eme.,A ga-agbakwa mbọ ịhụ na igwe amamiihe zuru ụlọ akwụkwọ niile iji gbaa ụmụakwụkwọ na ndị nkụzi ume ịmụ igwe amamiihe site n'ide Igbo n'ime ya., Ihe gbasakwara ikuku na-eme ka igwe amamiihe nwetawa ozi n'ebe ọzọ ka a ga-arụnye n'ụlọ akwụkwọ niile.,Ndị isi ụlọ akwụkwọ niile ga-agbakwa mbọ hu na a kwadoro ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ ọ bụla site n'inye ha oge zuuru ha iji kụzie Igbo., A ga-enwekwa ụbọchị ga-abụ ụbọchị ndị Igbo n'ụlọ akwụkwọ niile ka e were sụwa Igbo n'ụlọ akwụkwụ nke a ga-eme ka ụmụakwụkwọ nwee mmasị ịsụ Igbo, A ga-enwe ihe agbam ume nye ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ bụ ndị megasịrị nke ọma n'asụsụ Igbo. Ụsa a niile gbadoro ụkwụ n'ihe gbasara ijisi ike n'ịmụ otu e si eji igwe amamiihe/cọmputa ede akwụkwọ maka onye e jisighi ike ụgbọ aghara ya dịka Kadiri (2012) si kwuo na ụwa ga-ahapụ gị ma ọ bụrụ na mmadụ ejisighị ike sonye n'usoro nkanụzụ na cọmputa si arụ ọrụ n'ụwa n'oge a.

T-testi nke ụmaokwu gosiri na e nweghi ihe dị iche n'ụsa ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ na e nwere igwe amamiihe mana o bughi ibu. Ụsa ha abụọ gosiri na e nweghi igwe amamiihe/cọmputa n'ụlọ akwụkwọ sekoọndịrị 2 na Nsụka

---

Nchị**kọta**

Ihe gbasara nkanụzụ n'oge computa nke senchụrị nke iri abụọ na otu Naịjiria n'ebe asụsụ Igbo dị abụghị ihe a ga-eji gwuo egwu. Onye ọ bụla ga-adị njikere ịrụ ọrụ dị na ya site n'ime nke kwesịrị ka e mee ka asụsụ Igbo ghara ịnwụ. Gọọmenti ga-enye aka ibụbata igwe amamiihe/cọmputa. Ndị nkụzi n'akụkụ nke ha ewepụta onwe ha ije mụọ ka e si eji igwe amamiihe dee akwụkwọ. Maka na ọ bụ ndị nkuzi bụ isi a hụrụ kwawa okpu. Ọ bụ ha ga-akụzi ihe gbasara nkanụzụ ma ọ bụkwa ha ga-eme ka ụmụ akwụkwọ ghọta ihe a na-eme. Ndị nkụzi ga-agbakwa mbọ ịdị na-eje ihe ọmụmụ mgbe

na mgbe ka ha were mara ọgbara ọhụrụ n'ihe gbasara ọmụmụ cọmputa ka ha nwee ike jeso usoro ahụ. Ya mere ihe ọ bụla nke ga-enye aka ihụ na mmiri erighị asụsụ Igbo, ka gọọment jisie ike mee ya ka ọ dịrị nwoke mma dịrị nwaanyị mma. Nke a ga-eme ka asụsụ Igbo gaa n'ihu dịka asụsụ ndị ọzọ.

**Ntụnye Aro**

Ntụnye aro ndị a gbadoro ụkwụ na nchọpụta nchọcha, mkparịta ụka ya na nchịkọta nchọcha.

1. Gọọmenti ga-ejisike zụtawa igwe amamiihe/cọmputa n'obodo anyị Naijiria bụ ndị nwere akara Igbo na ha ka e wee nwee ike ibipụtanwu asụsụ Igbo n'akwukwọ.
2. Ndị isi ụlọ akwụkwọ secọndịrị ga-agba mbọ ịhụ na ndị nkụzi Igbo jere ọmụmụ cọmputa iji mụta otu e si eji igwe amamiihe/cọmputa ede ihe
3. Ndị isi ụlọ akwụkwọ ga-enyekwa oge zuru maka asụsụ Igbo iji kụzie asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị
4. Gọọmenti ga-ejisike n'ime ka e nwee ihe niile gbasara akụrụngwa igwe amamiihe/cọmputa dịka ikuku intanet, ọkụ latrịk, ọbọ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị
5. A ga-enwe ihe agbamume nye ndị nkụzi na ụmụ akwụkwọ bụ ndị na-eme nke ọma n'asụsụ Igbo.

**Edensibịa**


Echeruo, M.J.C (1982). *The Future of Igbo Studies*: A very Modest Proposal in Igbo Language and culture. Ibadan. University Press Ltd.

Ejiọnụeme, L.K (2012). *ICT Compliance*: A *Vital tool for teachers in the emerging Knowledge revolution for transformation*. *International Journal* of *Educational Research*, 11(1), 90-94

Https://www.dictionary.com/browse/technology

Kadiri, G.C (2012). *The role of information and communication technology in language teachingand learning in University education. Journal of Liberal Studies*, University of Nigeria,Nsukka 15(1) 1-2

Nwadike, I. U (2008). *Igbo Language and Culture*! *Whither bound*! (Asusu na Omenala Igbo: Ijeaṅaa?). In R. N. Umeasiegbu (ed). Chief F. C. Ogbalu Memorial Lectures (1&3). Onitsha: varsityPublishing Co.

Ohiri-Aniche, C. (2004). *Nkụzi Igbo* Dị *Ka Asụsụ Epum* (Igbo L1) *N'ụlọ* Akwụkwọ ndị Sekọndịrị. Port Harcourt. Emhai Printing & Publishing Co.

Hornby S (1995). *Oxford Advance Learners Dictionary*.Britain. Oxford University Press.

Oyelami, M.O (2008). *Development of Igbo Language* e-*learning System*. *Turkish Online Journal of Distance Education*. TOJDE 9(4)

www.yoụrdictionary.com/technology

**Nkuzi n'Asụsụ Epum dịka Ụzọ Isi Gbochie Nkewa dị n'etiti Nwata Akwụkwọ na kqrịkulum**

**nke**

**Chineke Stella Obiọma**
Department of Arts Education,
University of Nigeria, Nsukka.
08063385262 Stella.chineke@unn.edu.ng

**NA**

**Eze Roseline Ifeoma**
Department of Arts Education,
University of Nigeria, Nsukka.
08064008703 roseline.eze.ss12303@unn.edu.ng

**Ụmịedemede**

Mmụta bụ ihe a hụtara dịka ihe na-enyere mmadụ aka inweta agamnihu n'usoro obibi ndụ na kwa ihe niile mmadụ na-eme na ndụ. Ọ bụ akara ngwa dị mkpa nke na mba dị iche iche na-agba mbọ iji ya wee hụ na ha mejupụtara nhụrụ ụwa na mbunuche ha. N'ihi ya, obodo ọbụla leghaara mmụta anya na-enweta nnukwu ihe ọghọm. Ọ bụ nke a ka o ji bụrụ na obodo ọbụla chọrọ ịga n'ihu ga-ejikọ aka ọnụ ihu na ụmụ amaala ya niile bagidere agụm akwụkwọ na-enweghị oke ihe nhịaahụ. Ka o sila dị, nchọpụta gosiri na o nwere ọtụtụ ihe ịma aka n'ihu na-echere nwata akwụkwọ aka mgba n'ala Naịjirịa, bụ nke nwere ike ime na ọ gaghị enwe agamnihu zuru oke na ndụ ya. Otu n'ihe ịma aka n'ihu ndị a bụ nsogbu nke nwata akwụkwọ ịnọ dị ka onye ọbịa n'ebe ihe ọmụmụ n'ụlọakwụkwọ dị. Ihe ọghọm na-esochi ọnọdụ a gụnyere enweghị mmasị ịga akwụkwọ, oke ọdịda akwụkwọ na a gakata a ghara. Iji asụsụ Bekee, nke bụ asụsụ ndị mbịara chịwa akuzi ihe n'ụlọakwụkwọ na-eme ka nwata akwụkwọ nọrọ ka onye ọbịa n'ebe kọrịkulum (njikọta ihe ọmụmụ) dị. Ederede a na-ezipụta na iji asụsụ epum akuzi ihe ga-enye aka n'igbochi nkewa ahụ dị n'aghata nwata akwụkwọ na

kọrịkulum, ma si etu a gboo nsogbu nke nwata akwụkwọ ịnọ dị ka onye ọbịa n'ebe ihe ọmụmụ n'ụlọakwụkwọ dị.

**Ọkpụrụkpụ okwu:** Asụsụ, Nkuzi, Kọrịkulum, Mmụta, Epum.

## Mkpọlite

Obodo dị iche iche kwetara na mmụta bụ ụzọ pụtara ihe e si enweta agamnihu. Gọọmenti Etiti Naịjirịa (2004) nabatara nke a wee kwuo na mmụta ga na-enwe ọkwa dị elu n'usoro agamnihu nke obodo a, maka na ọ bụ akara nkwa dị mkpa maka mgbanwe. N'ihi nke a, obodo ọbụla kwesịrị itinye nnukwu akụnụba na mmụta. Fafunwa (1974) kọwara na mmụta bụ njikọta usoro niile nwatakịrị ji enweta ike na omume bara uru nke na-enyere ya aka n'ọgbọrọgbọdọ (society) ebe o bi. Iji kwado nkọwa a, Ojo (2006) kọwara mmụta dị ka usoro mmekọrịta na-agbanwe mmadụ ma mee ka o nweta nka ga-enyere ya aka isonye nke ọma n'ihe dị iche iche na-eme na gburugburu ya. Nke a na-egosi na mmadụ ga-abụrịrị onye nwetara ọzụzụ n'usoro mmụta tupu o nweta amamihe na nka ọ ga-eji tụnye oke ya na mmepe na agamnihu nke obodo ya. N'echiche Chukwurah (2014), usoro mmụta gụnyere nkuzi na ọmụmụ tụmadị nke a na-eme n'ụlọakwụkwọ. Ụdị mmụta a na-ewere ọnọdụ n'ụlọakwụkwọ bụ nke a na-ahazi n'ụzọ doro anya. O nwere afọ ole a tụrụ anya na mmadụ ga-anọ na ya; ma nwekwazị ihe ọmụmụ ndị a na-ele anya onye nọ ya ga-amụta. Mkpokọta ihe ọmụmụ ndị a ka e depụtara n'ime akwụkwọ a kpọrọ kọrịkulum.

## Nkọwa Kọrịkulum

Kọrịkulum bụ mkpokọta ihe ọmụmụ niile nwata akwụkwọ na-abagide malite ụbọchị mbụ ọ batara n'ụlọ akwụkwọ ruo ụbọchị ọ gụchara. Na nkọwa Akudolu (2011), o metụtara mbunuche a haziri ahazi, ihe a ga-amụ, ihe omume a ga-eji mụọ ya bụ ihe, usoro a ga-agbaso kuzie ihe iji mejupụta mbunuche nkuzi, usoro nnwale iji mata ogo e mejupụtara mbunuche na kwa gburugburu ebe a ga-anọ mụọ ya bụ ihe. A haziri ihe ndị ahụ dị n'ime kọrịkulum ka e wee nweta mbunuche mmụta. Okebukola (2004) kwuru na imejupụta ihe dị na kọrịkulum na-adị ire oge a tinyere ihe ndị ahụ e dere n'akwụkwọ n'ọrụ n'ụdị nkuzi na ọmụmụ. Ọ bụkwa oke na ọrụ dịịrị

ndị nkuzi ime nke a maka na ha nwere nka na ọzụzụ pụrụ iche iji mee ka nwata akwụkwọ mata ihe dị na kọrịkulum. Site na nkọwa a, e nwere ike ikwu na imejupụta kọrịkulum bụ oge a na-abagide nkuzi na ọmụmụ, bụ nke gbasara onye nkuzi, nwata akwụkwọ na ihe ọmụmụ.

Oke onye nkuzi na ụmụ akwụkwọ. jedebere n'imejupụta ihe dị na kọrịkulum bụ ihe na-egosi ogo e nwere ike iru n'imejupụta mbunuche mmụta. Akudolu (1994) mere ka a mata na ihe ọmụmụ dị na kọrịkulum nwere ike ịbụ kpoo na oyooyo maka imejupụta mbunuche mmụta. Ka o sila dị, ọ kọwara na e nwere ike ghara imejupụta mbunuche mmụta, ma ọ bụrụ na ụzọ e si enyefe ya bụ ihe ọmụmụ dị na kọrịkulum n'aka ụmụ akwụkwọ. adịghị ire. N'ihi nke a, ndị nchọcha a na-eche na otu ụzọ a ga-esi mata adịmire nkuzi bụ site n'ileba anya n'asụsụ e ji hazie, depụta ma na-enyefe ya bụ ihe ọmụmụ n'aka ụmụ akwụkwọ.

**Ọnọdụ Asụsụ Nkuzi n'ime Kọrịkulum**

Asụsụ dịka Anagbogu, Mbah na Eme (2001) siri kọwaa, bụ ụzọ nzikọrịta ozi mmadụ wepụtara iji zipụta mmetụta, echiche na ọchịchọ ya, n'ụdị ekwuru n'ọnụ ma ọ bụ ederede. Ọ bụ akara ngwa kewapụrụ mmadụ n'etiti ụmụ anụ ndị ọzọ. Anọzie (2007) chọpụtara na asụsụ na-arụ ọrụ buru ibu na ndụ mmadụ. Ọ bụ site n'asụsụ ka ndị mmadụ ji aghọta onwe ha ma na-aghọtakwa ọgbọrọgbọdọ (society) ha. Asụsụ nwere ọrụ ọ na-arụ n'ihe niile mmadụ na-eme na ndụ. Agamnihu a na-eweta na ngalaba ihe ọmụmụ dị iche iche dị ka Nka, Sayensị na Nkanụụzụ bụkarị site n'enyemaaka asụsụ. Ọ bụ asụsụ ka mmadụ ji amụ ihe, ejigide ihe ọ mụtara ma jirikwa ya echeta mmụta o nwerela. Mkpa asụsụ dị na mmụta kpatara Gọọmenti Etiti Naịjịrịa (2004) jiri kwubie okwu gbasara asụsụ nkuzi n'ụlọakwụkwọ.

Asụsụ nkuzi pụtara asụsụ onye nkuzi ji enyefe amamihe na nka n'aka ụmụ akwụkwọ. Onye nkuzi na ụmụ akwụkwọ. ji asụsụ enwe mmekọrịta n'etiti onwe ha oge nkuzi na ọmụmụ na-aga n'ihu. Magulu (2016) rụtụrụ aka na o nwere mgbe a na-ahụta asụsụ nkuzi dị ka ihe agbamonwe (variable) adịghị mkpa ilebara anya na nkuzi na ọmụmụ. Ha kọwara na n'oge ahụ, na ọtụtụ ndị mmadụ kwenyere

na ihe kacha dị mkpa bụ inwe klaasị a haziri nke ọma na ihe ọmụmụ dị mma. Mana ka ndị mmadụ na-agbawanye mbọ ịchọpụta ihe mere mmụta ji ada ada, a chọpụtara na asụsụ nkuzi bụ otu ụzọ e nwere ike isi nwee agamnihu na mmụta. Wolff (2006) mere ka a mata na n'agbanyeghị na ọ bụghị naanị asụsụ dị mkpa na mmụta; na e wezuga asụsụ, na o nweghị ihe a na-eme n'usoro mmụta nwere isi. N'ezi okwu, ọ bụghị naanị na nkuzi na ọmụmụ ka asụsụ dị mkpa n'usoro mmụta, kama ọ dịkwazị mkpa n'ihe niile gbasara kọrịkulum (malite n'ichepụta ya n'echiche, ịhazi ya, idetu ya, imejupụta ya na klaasị na ịnwale ya). Otu 'Uhited Nations Education Scientific and Cultural Organization (UNESCO)' kọwara na asụsụ nkuzi so n'ihe mere mmụta na mmetadebe ụmụ akwụkwọ.  ji adị ala n'ọtụtụ ụlọakwụkwọ na mba Afrịka. Nke a bụ maka na ọ bụ naanị na mba Afrịka ka ọtụtụ ụmụaka na-eji asụsụ ndị mba ọzọ amalite ịmụ ihe n'ụlọakwụkwọ, (Ouane na Glanz, 2010). Wyse, Hayward, Higgins na Livingston (2017) chọpụtara na nchọcha e mere n'ime afọ iri gara aga na-egosi na asụsụ bụ otu ihe dị mkpa nwere ike ime ka nkuzi na ọmụmụ dị ire. Na nkọwa ha, asụsụ na mmekọrịta dị ezigbo mkpa maka ịmụta ka e si agụ na ka e si ede. Nka ọgụgụ na odide na-enyekwazịrị mmadụ aka ịmụta ihe ọmụmụ niile a na-akuzi na klaasị. Ụdị ihe ọmụmụ ọ sọkwara ya bụrụ, Bashar (2017) kwuru na ụmụ akwụkwọ.  na-amụta ihe ọhụrụ na ya site n'ige ntị, ikwu, ịgụ na idetu ihe ha na-amụ.

N'ime kọrịkulum, asụsụ nọ dị ka ihe ọmụmụ ma nọrọkwa ka ihe e ji akuzi ihe ọmụmụ ndị ọzọ. Ọ bụ n'ọnọdụ nke abụọ a ka a na-elegara asụsụ anya n'ọrụ a maka na o nweghị ka a ga-esi mejupụta ihe ọmụmụ dị na kọrịkulum na-achọghị enyemaaka asụsụ. Nke a gosiri na ọ bụ asụsụ, ma nke a sụrụ asụ ma nke e dere ede na-eduba n'imejupụta mbunuche mmụta. Iji hụ na asụsụ rụrụ ọrụ a dị mkpa, asụsụ e ji akuzi ihe na klaasị ga-abụ asụsụ ụmụ akwụkwọ maara nke ọma. N'aka nke ọzọ, mgbe ọbụla ụmụ akwụkwọ amaghị asụsụ nkuzi, ha enweghị ike iji ya kọwaa onwe ha nke ha ji aghọta ihe e ji ya akuzi, ya bụ asụsụ anaghị arụ ọrụ zuru oke n'ebe mmụta dị. Iji maa atụ, ọ bụrụ na e jiri asụsụ nwata akwụkwọ amaghị wee na-akuziri ya ihe ọ maghị, ọ ga-ahịa ya ahụ ịghọta ihe ahụ a na-akuzi. Nke a ga-eme ka ọ nọrọ dị ka onye ọbịa na klaasị. Mushtaq na Alam (2015) kwadoro echiche a maka na ha kwuru na asụsụ nkuzi na-ekpebi ụdị mmekọrịta a na-enwe na klaasị na kwa ka

ụmụ akwụkwọ si aghọta ihe a na-akuziri ha. Na nkọwa ha, ọ bụrụ na asụsụ klaasị bụ asụsụ onye nkuzi na ụmụ akwụkwọ.  maara nke ọma, ọ ga-akwalite nkuzi na ọmụmụ maka na ụmụ akwụkwọ.  ga na-esonyesi ike n'ihe omume niile. Mana, ọ bụrụ kwa na asụsụ klaasị bụ asụsụ ma onye nkuzi ma ụmụ akwụkwọ.  na-amụ amụ, ọ ga na-akpụchi mmụta azụ. Ya ka o jiri dị mkpa na e ji asụsụ dabara eme nkuzi na ọmụmụ ka e wee nwee ike mejupụta mbunuche mmụta dị ka ọ dị na kọrịkulum.

**Nsogbu dị n'iji** asụsụ **Bekee akụzi nkuzi**

Asụsụ Bekee, bụ asụsụ ndị ọcha chịburu obodo a webatara, kacha nwee ọkwa dị elu n'etiti asụsụ niile a na-asụ na Naịjirịa tụmadị n'usoro mmụta. Ọ bụ ya ka e jiri dee ọtụtụ kọrịkulum ma jirikwa ya dee imeriime akwụkwọ ọgụgụ na akwụkwọ ọrụ e ji eme nkuzi na ọmụmụ n'ogo mmụta dị iche iche. Iji maa atụ, n'agbanyeghị na Gọọmenti Etiti Naịjirịa (2004) tụpụtara na asụsụ nkuzi n'ogo mmụta praịmarị nta bụ asụsụ epum; a naghị atinye ya n'ọrụ etu o kwesịrị. Maduewesi (2002) kọwara ihe abụọ mere na nke a anaghị adịcha ire. Nke mbụ bụ na ọtụtụ ndị nne na nna na-atụ anya na ụmụaka ha ga-amalite ịsụ asụsụ Bekee ngwa ngwa ha banyere n'ụlọakwụkwọ. Ha kwenyere na iji asụsụ Bekee akuziri ụmụaka ihe ga-eme ka nke a dị ire. N'ihi ya, ọtụtụ ndị nkuzi ọtaakara na praịmarị na-eji asụsụ Bekee akuzi ihe iji mee ka obi dị ndị nne na nna mma. Ọ bụrụ na ha emeghị etu a, ike kwe, ndị nne na nna a ga-akpọga ụmụaka ha n'ụlọakwụkwọ ọzọ, ebe e ji asụsụ Bekee eme nkuzi. Nke abụọ bụ na ọkwa dị elu e nyere asụsụ Bekee n'ihe niile a na-eme n'obodo a mere na ọtụtụ mmadụ anaghị ahụta asụsụ epum dị ka ihe bara uru ọbụla. O nweghịkwa mbọ pụtara ihe a na-agba itinye ihe e dere n'akwụkwọ iwu na-achịkwa mmụta gbasara iji asụsụ epum akuzi ihe n'ọrụ. Nke a na-enwe ọghọm n'ebe ụmụ akwụkwọ.  nọ. Iji maa atụ, tupu nwatakrị amalite akwụkwọ, o nwebego ntụkwasị obi n'onwe ya; na ya enweela ike iji asụsụ epum ya kparịta ụka n'ụzọ doro anya. Mmụta na amamihe o nwere n'asụsụ epum a so n'ihe ga-enyere ya aka ịmụta ihe na klaasị. Mana ọ bụrụ na asụsụ nkuzi bụ asụsụ ndị mba ọzọ (dị ka ọ dị na Naịjirịa), ụmụaka malitere akwụkwọ ọhụrụ na-aghọta na asụsụ na amamihe ha nweburu bụ ihe efu n'ihi na o nweghị uru ha bara na klaasị. Lee ihe Cummins (2001) kwuru banyere nke a:

> …mgbe ọ bụla e leghaara asụsụ, ọdịnaala na mmụta ụmụ akwụkwọ. nweburu anya, maọbụ ghara iwebata ha n'ihe e ji arụ ọrụ na klaasị, ụmụ akwụkwọ. dị etu a na-ebido na mbụ nwebe ihe ọghọm na ọgbatauhie. Ha na-ahụta na ihe niile ha mụtaburu maka ebim ndụ na kwa ụwa tupu ha ebido akwụkwọ enweghị ka ha siri gbasata ihe a na-amụ na klaasị (ia.1).

Okwu a dị n'elu gosiri na iji asụsụ Bekee mere asụsụ nkuzi na-ebute nkewa n'etiti ihe a na-akuzi (kọrịkulum) na nwata akwụkwọ; bụ onye nwere otu n'ime asụsụ ala Naịjirịa dị ka asụsụ mbụ ya. Nwata akwụkwọ dị etu a nwere ike na-ahụta onwe ya dị ka onye riri mperi n'ebe ndị ogbo ya nọ. Ọnọdụ a ga-eme ka nwatakịrị na-ajọ ụjọ ịga akwụkwọ maọbụ na-ewezuga onwe ya n'ihe omume dị iche iche a na-eme na klaasị n'ihi ihere amaghị asụsụ a na-asụ na klaasị.

Ọzọ kwa, iji asụsụ nke abụọ akuzi ụmụaka ihe na-eme ka o siere ha ike ịghọta ihe a na-akuzi. Walter (2000) kwadoro nke a maka na ọ chọpụtara na ejighi asụsụ epum akuziri ụmụaka ihe so n'ihe kacha ebute ndaghachi azụ a na-enwe n'ebe mmụta dị, na kwa amụtaghị akwụkwọ a na-ahụta n'etiti ụmụ akwụkwọ. Mackenzie na Walker (2018) mekwara ka a mata na ụmụaka e ji asụsụ abụghị nke ha na-asụ n'ụlọ akuziri ihe na-akacha enwe nhịa ahụ n'ịmụta ihe. Ihe abụọ na-echere ụmụaka dị etu a aka mgba n'otu oge. Nke mbụ bụ ịghọta asụsụ e ji akuzi ihe, ya na ịghọta isiokwu a na-akuzi maka ya. Nke a ga-ebute oke ọdịda akwụkwọ na kwa ịgụwo klaasị.

N'iga n'ihu, UNESCO (2013) gosiri na a na-hụtakarị ọnọdụ ekweghi aga akwụkwọ na agakata akwụsị n'etiti ụmụaka ndị e ji asụsụ nke abụọ akuziri ihe n'ụlọakwụkwọ. Ihe nke a pụtara bụ na iji asụsụ Bekee akuzi ihe n'ụlọakwụkwọ abụghị naanị na ọ na-akpata ekweghị aga akwụkwọ, kama na ọ na-ebutekwazị a gakata a kwụsị n'etiti ụmụ akwụkwọ. UNESCO (2008) kwuru na a bịa na mba ụwa, na ihe dị ka ụmụaka ọnụọgụ ha dị n'agbata nde iri ise na nde iri asaa na ise bụ ndị e jighi asụsụ ha eme nkuzi anaghị aga akwụkwọ. Ọtụtụ n'ime ndị kachiri obi banye ụlọakwụkwọ na-adachapụkwa ngwa ngwa. Na nkwenye, Ụlọ Akụ Mba Ụwa (World Bank, 2005) kọwara na pasenti iri ise ụmụaka ndị anaghị aga akwụkwọ na mba ụwa bụcha ndị bi n'obodo ebe asụsụ nkuzi dị iche

n'asụsụ a na-asụ n'ụlọ. Ọ bụ ọnọdụ a kpatara ọrụ a ji akọwa na iji asụsụ Bekee eme nkuzi tụmadị n'ogo praịmarị na-adọghachi mmụta azụ, ma na-ebute nkewa n'etiti kọrịkulum na nwata akwụkwọ .

**Iji asụsụ epum ghochie nkewa dị n'etiti nwata akwụkwọ na kọrịkulum**

Asụsụ epum dị ka Mbah (2012) siri kọwaa ya bụ asụsụ mbụ nwatakịrị nwetara na-akpachaghị anya tinye mgbalị ọbụla na ya . Ọ bụ asụsụ nwata na-anọ n'apata ụkwụ nne ya amụta. UNESCO (2003) hụtara ya dịka asụsụ nwata na-ebu ụzọ amụta ma marakwa ka e si asụ ya nke ọma. Nghọta mbụ nwatakịrị nwere banyere ụwa ọ nọ n'ime ya na kwa ihe ndị ọzọ gbara ya okirikiri bụ site n'enyemaaka asụsụ. Asụsụ a na-ekwu maka ya n'ebe a bụ asụsụ mbụ nwata ahụ, nke bụ asụsụ epum, (Aboderin, 2012).

Asụsụ epum nwere ihe pụrụ iche ọ na-eme na ndụ mmadụ dị ka onye ahụ na-etolite, maka na ọ bụ asụsụ mbụ nwatakịrị mụtara o ji akọwapụta onwe ya n'ebe ndị ọzọ nọ. N'ihi nke a, ọ na-arụ ọrụ dị mkpa n'ịtọ ntọala mmụta na ndụ nwata ọbụla. Ọ bụ ya kpatara e ji akwado ka e jiri ya mere asụsụ nkuzi, tụmadị oge ụmụaka malitechara akwụkwọ ọhụrụ. Iji asụsụ epum eme nkuzi na ọmụmụ ka a na-akpọ nkuzi n'asụsụ epum (NAE).

Gọọmenti Naịjirịa kwadoro NAE ọ kachasị na mmalite agụm akwụkwọ. Dịka ọ dị n'akwụkwọ iwu na-achịkwa mmụta (2004), asụsụ epum maọbụ asụsụ a n-asụ na gburugburu ụlọakwụkwọ ka a ga-eji eme nkuzi bido n'ogo praịmarị nke mbụ ruo na nke atọ. Malite n'ogo praịmarị nke anọ, asụsụ Bekee ga-abụzị asụsụ nkuzi, ebe asụsụ a na-asụ na gburugburu ga-abụzị otu n'ihe ọmụmụ a na-akuzi na klaasị. Atụmatụ a dabara na ntụzi aka UNESCO (1953), nke kwuru na ọ ka mma ka e jiri asụsụ obodo ndị mmadụ wee na-akuziri ha ihe n'ụlọakwụkwọ. Site na ntụzi aka a, ọtụtụ ndị mmadụ emeela nchọcha ịmata mmetụta NAE nwere n'ebe mmụta dị, (Fafunwa, 1975; Barron, 2012). Nchọpụta sitere na nchọcha ndị a gbara akaebe na NAE na-akwalite mmụta n'ụzọ abụna ụzọ. Ya ka Mackenzie na Walker (2018) jiri kwado na kọrịkulum ọbụla gbanyere mgbọrọgwụ n'asụsụ nwatakịrị maara, ọdịnaala ya na kwa gburugburu ya na-akwalite mmụta; ọ kachasị oge nwatakịrị

bidochara akwụkwọ ọhụrụ. Ọ na-enyere nwatakịrị aka isite n'ihe ndị ọ mabuuru doro ya anya wee banyewe na ndị ọhụrụ edochachị ya anya. Ọ na-akpalite mmasị nwata akwụkwọ n'ebe ihe a na-akuzi dị, ma mekwaa ka nwata akwụkwọ nwee ntụkwasị obi n'onwe ya na agụụ isonyesi ike n'ihe omume a na-emegasị na klaasị.

NAE na-akwadebe nwatakịrị maka ịmụta ka e si agụ na ka e si ede. Ọ na-akwalite nka ọsụsụ n'asụsụ epum na kwa asụsụ ndị ọzọ nwata akwụkwọ  nwere ike ịmụ n'ọdị n'ihu. Nchọpụta Ụlọ Akụ Mba Ụwa (2005) gosiri na ụmụ akwụkwọ.  na-aka amụta asụsụ nke abụọ, ma ọ bụrụ na ha dị na mbụ mụta asụsụ nke mbụ ha nke ọma. Sidhu (2017) gbara akaebe wee kwuo na nchọpụta o mere gosiri na ụmụaka ndị e ji asụsụ epum ha kuziere ihe n'afọ atọ mbụ ha n'ụlọakwụkwọ praịmarị nwetara akara nrite dị elu n'ihe ọmụmụ asụsụ Bekee karịa ndị ogbo ha e jiri asụsụ Bekee kuziere ihe ọmụmụ niile. Benson (2008) kọwara na ọ na-adị ka ibu ụzọ mee ka ụmụaka nwee mmụta tọrọ atọ n'asụsụ epum ha abụ ịla oge n'iyi. Mana nke a abụghị ezi okwu maka na nwata akwụkwọ inwe mgbọrọgwụ siri ike n'asụsụ epum ya na-enyere ya aka ịmụta ihe ọmụmụ ndị ọzọ, tinyere asụsụ nke abụọ.Ya bụ na mkpa ọ dị ime nkuzi n'asụsụ epum abụghị ihe a ga-akọchawu. Banda (2010) kwuru na ọ bụ ihe mara nnukwu mma bụ iji asụsụ ụmụaka maara nke ọma tupu ha amalite akwụkwọ wee na-akuziri ha ihe. Ọ na-eme ka ụmụaka ghara inwe nnukwu nhịa ahụ isite n'ihe ndị ha na-eme n'ụlọ banye n'ihe ndị a na-eme n'ụlọakwụkwọ.

Ọzọ kwa, NAE na-eme ka nwatakịrị ghara ịhụta onwe ya dị ka onye ọbịa n'etiti ndị ọzọ nọ n'ụlọakwụkwọ maka na ha na-asụ asụsụ ọ maara nke ọma. Nke a ga-eme ka o mesapụ ahụ ma sonye n'ihe omume dị iche iche a na-eme n'ụlọakwụkwọ. Ike kwe, ọ bụ ya kpatara Gurganyi (2015) ji kwuo na ụmụ akwụkwọ.  e jiri asụsụ ha na-asụ n'ụlọ kuziere ihe n'ime afọ asatọ mbụ nke ndụ ha, na-aka eme nke ọma n'ịmụ asụsụ nke abụọ na kwa ihe ọmụmụ ndị ọzọ a na-akuzi n'ụlọakwụkwọ. NAE nwere ike ịkwalite mmụta. Nchọpụta gosiri na NAE na-eme ka ọ dịịrị ụmụ akwụkwọ.  mfe ịghọta ihe a na-akuziri ha, (Viswanathan, 2013). Nke a bụ eziokwu maka na asụsụ e ji akuzi ihe doro ha anya, ihe ha na-agbakeri ala ịghọta bụ naanị isiokwu a na-akuzi.

N'įga n'ihu, NAE na-eme ka ọtụtụ ndị nne na nna nwee ohere ịtụnye oke ha na mmụta ụmụaka ha. Benson (2002) kqwara na iji asụsụ nne na nna na-asụ akuziri ụmụaka ha ihe ga-akwalite ezi mmekọrịta n'etiti ha na ndị nkuzi, ma mekwaa ka ndị nne na nna na-enyere ụmụaka ha aka ime ihe omume e nyere ha n'ụlọ. Ọ dịghị etu a n'ebe ụmụaka ndị e ji asụsụ nke abụọ akuziri ihe nọ. Nne na nna na kwa ikwu na ibe amaghị asụ ya bụ asụsụ nke abụọ agaghị enwe ike ịtụnye oke ha maka agamnihu mmụta nke ụmụaka ha.

Ụmụaka e ji asụsụ epum ha akuziri ihe na-aka enweta nka iche echiche nke ọma (Bialystok, 2001). Sapir-Whorf tụpụtara atụtụ iji gosi na asụsụ mmadụ na-asụ na-emetụta ka ụbụrụ ya si enwe agamnihu. Na nkọwa ya, asụsụ na-emetụta ka mmadụ si eche echiche. O nwere usoro echiche na nkwenye sitere n'echiche miri emi na kwa ọdịnaala nke a na-esi naanị n'asụsụ epum enweta dị ka mmadụ na-eto. Nke a na-enyere mmadụ aka ime ka ụbụrụ ya dị nkọ. O kwere nghọta na nwata ụbụrụ ya dị nkọ na-aka aghọta ihe a na-akuzi na klaasị. Mana iji asụsụ nke abụọ malite ikuziri nwatakịrị ihe ga-eme ka e nwee ọgbatauhie n'uto nke ụbụrụ ya. Ihe ọ pụtara bụ na NAE na-eme ka usoro ahụ ụbụrụ na-agbaso n'inweta agamnihu maka ịdị nkọ na iche echiche nke ọma gaa sịrịrị werere.

Gurganvi (2015) mekwara ka a mata na a na-aka enwe ụbara ụmụaka na-aga akwụkwọ ma na-emekwa nke ọma n'obodo ebe a na-eme nkuzi n'asụsụ epum. Anaghị enwekebe ọnọdụ a gakata a ghara n'etiti ụmụaka dị etu a. Ụlọ Akụ Mba Ụwa (2006) kwuru na nke a anaghị adịkebe ire na mba ndị ka na-eto eto n'ihi na ọ bụ asụsụ nke abụọ ka ha jikarị eme nkuzi. Dịka o siri kọwaa, ihe pekarịrị pesenti iri isii n'ụmụaka banyere ụlọakwụkwọ praịmarị bụ ndị na-aguru ya n'isi. Ọtụtụ n'ime ha na-adachapụ n'ụzọ. Nke a gosiri na NAE na-akwalite ọnụọgụ ụmụaka n'abanye n'ụlọakwụkwọ ma na-ebelatakwa a gakata a ghara. N'ezie, NAE na-eweta ezi mmekọrịta n'etiti nwata akwụkwọ na onye nkuzi na kwa ụmụ akwụkwọ. ndị ọzọ. Ọ na-ebutu kọrịkulum ala, gbarie ya etu ọ ga-esi dịịrị nwata akwụkwọ mfe na nghọta.

**Nchịkọta na Aro**

Ọtụtụ oge ka ndị ọkammụta na-agbarụ ihu gbasara ndaghachi azụ nke usoro mmụta, ya na ọnọdụ ọtụtụ ụmụaka anaghị aga akwụkwọ. A na-ele anya na otu ihe so ebute ajọ ọnọdụ a n’obodo ka na-emepe emepe, nke Naịjirịa so na ya bụ ejighi asụsụ epum atọrọ ụmụaka ntọala siri ike n’usoro mmụta ha. Ọtụtụ obodo na-emepe emepe bụ asụsụ nke abụọ ka ha ji emekarị nkuzi na ọmụmụ n’ụlọakwụkwọ. Nchọpụta gosiri na o nwere ike ime ka ụmụaka ghara inwetacha nka na mmụta zuru oke n’usoro agụm akwụkwọ ha. O nwekwara ike ibute oke ọdịda akwụkwọ na a gakata a ghara. Otu ụzọ e nwere ike isi gbochie ihe ndị a bụ site n’ime nkuzi n’asụsụ epum. Nkuzi n’asụsụ epum ọ kachasị na mmalite agụm akwụkwọ na-eme ka nkuzi na ọmụmụ dị ire. N’ihi ya, a na-atụ aro ka:

1. Gọọmenti hụ na a na-agbaso atụmatụ niile e nwere gbasara iji asụsụ epum akuzi ihe maka na ọ ga-eweta agamnihu n’usoro mmụta;
2. E nye ndị nkuzi ọzụzụ ga-eme ka ha nwee ezi mmụta na nka iji asụsụ epum akuzi ihe maka ịkwalite nghọta ụmụ akwụkwọ.  na-enwe n’ihe a na-akuziri ha.
3. A hazigharịa kọrịkulum n’ụdị ọ ga-akwado nkuzi n’asụsụ epum.
4. E mee ka ndị mmadụ mata mkpa na uru dị na nkuzi n’asụsụ epum, ka ha wee kwado iji ya akuziri ụmụaka ha ihe.

Edensibịa

Aboderin, M. (2012). *Children should learn mother tongue first.* Retrieved June, 2013 from file:///C:/Users/user/Desktop/EDU%20FOR%20ALL/Children%20should%20learn%20mother%20tongue%20first%20%E2%80%93Lecturer%20%E2%80%94%20The%20Punch%20%20Nigeria%27s%20Most%20Widely%20Read%20Newspaper.htm

Akudolu, L. R. (1994). Concept of curriculum implementation. In G. C. Offorma (ed). *Curriculum Implementation and Instruction.* Onitsha: Uni-World Educational Publishers.

Akudolu, L. (2011). The formal, non-formal and informal continuum in peace education curriculum. *Journal of Curriculum and Instruction,* 8 (1), 1-9.

Anagbogu, P. N., Mbah, B. M. & Eme, C. A. (2010). *Introduction to general linguistics.* Awka: Amaka Dreams.

Anqzie, C. C. (2007). *General linguistics: An introduction*. Enugu: Tashiwa Networks.

Banda, F. (2010). Defying monolingual education: Alternative bilingual discourse practices in selected coloured schools in Cape Town. *Journal of Multilingual and Multicultural Development* 31(3): 221-235.

Bashar, A. (2017). Role and importance of language in the curriculum. Retrieved from https://www.slideshare.net/abubashars/role-and-importance-of-language-in-the-curriculum

Benson, C. (2002). Real and potential benefits of bilingual progammes in developing countries. *International Journal of Bilingual Education and Bilingualism, 5* (6), 303-317.)

Benson, C. (2008). Common themes and areas for further work: Questions, answers and remaining issues. In C. Haddad (ed). *Improving the Quality of Mother Tongue-based Literacy and Learning: Case Studies from Asia, Africa and South America*. Bangkok: UNESCO Asia and Pacific Regional Bureau for Education.

Bialystok, E. (2001).*Bilingualism in development Language, literacy, and cognition* Cambridge: Cambridge

Cummins, J. (2001). *Negotiating identities: Education for empowerment in a diverse society*. Los Angelis: California Association for Bilingual Education.

Chukwurah, C. C. C. (2014). Mathematics education: A panacea for Nigerian education for all agenda. *Journal of Teacher Perspectives (JOTEP),* 8 (2) 357-366.

Federal Republic of Nigeria. (2004). *National policy on education*. Lagos: NERDC press.

Fafunwa, A. B. (1975): Education in the mother tongue: A Nigerian experiment. The Six-Year (Yoruba Medium) Primary Education Project at the University of Ife, Nigeria. *West African Journal of Education,* 19, (2), 213-227.

Gurganvi, K. (2015). *The advantages of having one's mother tongue as the medium of instruction during primary education in India.* Retrieved from https://www.quora.com/What-are-the-advantages-and-disadvantages-of-having-ones-mother-tongue-as-the-medium-of-instruction-during-primary-education-in-India

Islam, Q. N., Mushtaq, M. & Alam, M. T. (2015). Problems of teachers and students due to implementation of English as medium of instruction at primary level in Punjab. *International Journal of Academic Research in Business and Social Sciences,* 5 (4), 23-36.

Mackenzie, P. J. & Walker, J. (2018). *Mother-tongue education: Policy lessons for quality and inclusion.* Retrieved from http://www.campaignforeducation.org/docs/reports/GCE%20Mother%20Tongue_EN.pdf

Maduewesi, E. J. (2002). Education for character and skills development. In Yoloye, E. A. and Osiyale, A. O. (eds). *Publication of Fafunwa Educational Foundation*. Lagos: NERDC Press.

Magulu, H. B. (2016). The impact if the language of instruction on teacher-pupils classroom interaction in History subject in primary schools in Tanzania. Masters Project, Department of Education, Faculty of Educational Sciences, University of Oslo.

Mbah, B. M. (2012). Language policy, mother tongue education and the role of the Nigerian language teacher in Nigerian language education. *Journal of Education and Practice,* 3, 48-54.

Ojo, M. O. (2006). Vision and mission of teacher education in Nigeria: The teacher preparation paradigm. *Journal of Physical Education and Research* , (20), 15-18.

Okebukola, P. A. O. (2004). Curriculum implementation in Nigeria, strategies for the 21st century. *Curriculum Implementation and Professionalizing Teaching in Nigeria.* A. O. K. Noah, D. O. Shoibare A. A. Ojo and T. Olujuwon (eds). Lagos: A-Traide Associate.

Ouane, A. & Glanz, C. (2010). *Why and how Africa should invest in languages and multilingual education*. Paris: UNESCO Institute for Lifelong Learning.

Sidhu, G. S. (2017). *What are the advantages and disadvantages of having one's mother tongue as the medium of instruction during primary education in India?* Retrieved from https://www.quora.com/What-are-the-advantages-and-disadvantages-of-having-ones-mother-tongue-as-the-medium-of-instruction-during-primary-education-in-India

UNESCO (1953). *The use of the vernacular languages in education*. Monographs on Foundations of Education, No. 8. Paris: UNESCO.

UNESCO (2003). *Education in a multilingual world*. UNESCO Education Position Paper. Paris: UNESCO. Retrieved from

http://unesdoc.unesco.org/images/0012/001297/129728e.pdf

UNESCO (2008). *Mother tongue instruction in early childhood education: A selected bibliography.* Paris: UNESCO.

UNESCO, (2013). *Mother tongue education and books: Celebration international mother language day*. Retrieved from http://www.unesco.org/new/en/kathmandu/about-this-office/singleview/news/mother_tongue_education_and_books_celebrating_international_mother_language_day/

Viswanathan, B. (2013). *What are the advantages and disadvantages of having one's mother tongue as the medium of instruction during primary education in India?* Retrieved from https://www.quora.com/What-are-the-advantages-and-disadvantages-of-having-ones-mother-tongue-as-the-medium-of-instruction-during-primary-education-in-India

Walter, S. (2000). Work papers of the summer institute of linguistics, University of North Dakots Session. Retrieved from http://www.sil.org/resources/archives/40199

Wolff, H. E. (2006). Language politics and planning in Africa, in Hassana Alidou, Aliou Boly, Birgit Brock-Utne, YayaSatina Diallo, Kathieen Heugh, H. Ekkehart Wolff. (eds). *Optimizing Learning and Education in Africa—the Language Factor: A Stock-taking Research on Mother Tongue and Bilingual Education in Sub-Saharan Africa.* Association for the Development of Education in Africa (ADEA).

World Bank. (2005*). Education notes: In their own language…Education for all.* Retrieved from http://siteresources.wolrdbank.org/EDUCATION/Resources/Education -Notes-Lang-of-instruct

World Bank. (2006). *Education for all (EFA).* Retrieved June, 2013 from

http://web.worldbank.org/WBSITE/EXTERNAL/TOPICS/EXTEDUCATION/0,,contentMDK:20374062~menuPK:540090~pagePK:148956~piPK:216618~theSitePK:282386,00.html

Wyse, D., Hayward, L., Higgins, S. & Livingston, K. (2017). Language and education. *Curriculum Journal*, 28 (4), 443-445. Retrieved from https://www.tandfonline.com/doi/full/10.1080/09585176.2017.1378463

# Nsogbu Ụmụ akwụkwọ N'itinye Akara Ụdaolu Igbo na Mkpụrụokwu

**Nke**

**Onwuka, Gloria T**
**Ngalaba Mmụta Nka, Mahadum Naịjirịa, Nsụka**
**gloria.onwuka@unn.edu.ng**

## Ụmịedemede

Nchọcha a lebara anya na nsogbu ụmụ akwụkwọ na-enwe n'itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo n'ogo Juniọ sekọndịrị. Mbunuche nchọcha anọ ka e wepụtara maka nchọcha a. Ụdị nchọcha a bụ nke sọvee nkọwa. Ajụjụ nchọcha anọ ka e wepụtara maka nchọcha a. Ndị e ji mee nchọcha a bụ umụ akwụkwọ dị narị abụọ n'ọnụọgụ bụ ndị e sitere n'usoro ebumnobi wee họpụta. Ngwa nchọcha e ji mee nchọcha a bụ – Njụmaza Nsogbu ụmụ akwụkwọ na-enwe n'itinye akara ụdaolu na Mkpụrụokwu Igbo (NNUNNAMI) bụ nke onye nchọcha ji aka ya mepụta. E ji 'miin' na 'ndịpụ' na 'izugbe' (standad divieshọn) wee zaa ajụjụ nchọcha, nyochaa ma tulekwaa data e nwetara. Nchọpụta nchọcha gosiri na ụmụ akwụkwọ nọ n'ogo junịọ sekọndịrị ọ kachasị n'okpuru ọchịchị Nsụka na-enwe nsogbu n'itinye akara ụdaolu. Nke a bụ maka na ụfọdụ ndị nkụzi anaghi akụzi ụdaasụsụ ọ kachasị akara ụdaolu, nke mere na ọtụtụ ụmụ akwụkwọ amaghị ka e si etinye akara ụdaolu Igbo na mkpụrụokwu. Ọtụtụ ụmụ akwụkwọ amaghị mkpụrụ edemede ndị a na-etinye akara ụdaolu na ha. A na-amachibido ụmụ akwụkwọ ịsụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ nke na-ebutere ha ndọghachi azụ n'ọmụmụ asụsụ Igbo nke ụdaolu bụ otu n'ime ya. Ụmụ akwụkwọ na-enwe mgbagwoju anya n'itinye akara ụdaolu tinyere na olundị na-ebute nsogbu n'itinye akara ụdaolu. A tụnyere aro nke otu n'ime ha bụ na ndị nkụzi ga-agba mbọ hụ na ha ji usoro nkụzi kwesịrị ekwesi akụzi asụsụ Igbo ọ kachasị akara ụdaolu.

**Ọkpụrụkpụ Okwu:** Ụdaolu, Akara Ụdaolu.

**Mkpọlite na Ntụleghari̩ Nchọcha**

Asụsụ bụ otu ihe mere mmadụ ji dị iche n’anụmanụ ndị ọzọ Chukwu kere. Ihe ọmụmụ sayensị asụsụ mere ka a mata na mmadụ bụ naanị anụ a maara nwere ike ịsụ asụsụ. Asụsụ bụ ngwa ọrụ mmadụ na ibe ya ji emekọrịta, ezipụta echiche obi ha n’ụdị ekwurekwu maọbụ ederede. Asụsụ bụ otu ụzọ mmadụ na ibe ya si enwe ezi mmekọrịta. Ọ bụ ụdaokwu nwere ezi nghọta nke sitere n’ọnụ mmadụ pụta. N’echiche ya, Anozie (2010) kọwara asụsụ dịka ụzọ mmadụ na ibe ya si enwe mkparịtaụka n’etiti onwe ha. Ọ gara n’ihu kọwaa na ọ bụ mmekọrịta na-adị n’etiti ọgan okwu dị iche iche n’ahụ mmadụ na-enye ụda. Ọ bụkwazi ụda ndị a na-esite n’olu mmadụ ka mmadụ na-ahazi n’ụdị njimara nke mmadụ na ibe ya ji ezirita onwe ha ozi ka a na-akpọ asụsụ. Anayochukwu (2005) kọwara asụsụ dịka ụzọ mmadụ ji e nwekọrịta mmekọ n’etiti mmadụ na ibe ya. Nke a na-apụta ihe mgbe mmadụ na ibe ya na-akparịta ụka. Ọ na-egosi na ọ bụrụ na onye a na-agwa ihe aghọtaghị ihe a na-agwa ya, onye ahụ na-agwa ya ihe ahụ anaghị asụ asụsụ doro anya maọbụ ọ naghị asụ asụsụ ka ihe a chọrọ wee zuo oke, onye a na-agwa ga-aghọtarịrị ihe a na-agwa ya. Asụsụ na-arụkwa nnukwu ọrụ n’ebe agumakwukwọ dị, n’ihi na ọ na-enye aka ebute amamihe site n’aka onye na-akụzi rue n’aka onye a na-akụziri. Odenigwe (1998) kọwara na asụsụ bụ ọnọdụ mmadụ haziri e ji akọwapụta echiche n’okwu ọnụ maọbụ n’edemede. N’ịga n’ihu, ọ kọwara na asụsụ bụ ụda dị iche iche e ji olu na ọnụ eme nke mba ọbụla ji akparịta ụka. Nke a bụ ezie n’ihi na ọ bụrụ na asụsụ adịghị, ọ dịghị ezigbo ụzọ mmadụ ga-esi amata maọbụ mee ka ndị ọzọ mata ihe o chepụtara n’obi. Mmadụ ọbụla Chukwu kere nwere asụsụ ọ na-asụ, ọ bụ asụsụ ahụ ọ na-asụ ka o si amata ihe ndị gbara ya okirikiri nakwa ụwa ọ nọ n’ime ya. Ọ bụ asụsụ onye na-asụ ka e ji a mata onye ọ bụ, obodo o siri pụta maọbụ mpaghara mba ụwa ebe o si. Asụsụ na-enye aka na mmekọrịta maka na onye hụ onye ya na ya na-asụ otu asụsụ na mba ọzọ, ọ ga na-eweta ezi mmekọrịta n’etiti ha abụọ. Asụsụ abụghị ọnatarachi kama ọ bụ ụdaokwu sitere n’ọnụ mmadụ pụta nke a haziri nke ọma e ji ezipụta echiche mmadụ site n’okwu ọnụ maọbụ n’edemede. Nke a pụtara na asụsụ mmadụ abụghị ebumputa ụwa dịka asụsụ ụmụ anụmanụ dị iche iche siri dị.

Asụsụ ọbụla nwere etu dị iche iche e si asụpụta ya site n'obodo dị iche iche na-asụ ya. Asụsụ Igbo bụ asụsụ e ji mara agbụrụ a kpọrọ ndị Igbo bụ ndị isi ojii ndị a na-ahụ n'akụkụ ndịda ọwụwa anyanwụ nke Naịjirịa. Asụsụ Igbo so n'asụsụ atọ a gụnyere n'asụsụ pụtakarịchara ihe n'ala Naịjirịa. Nke a mere ka o soro n'otu asụsụ ụmụ akwụkwọ na-ele n'ule iji nweta asambodo Sinịọ Sekọndịrị ọ kachasị na ndịda ọwụwa anyanwụ Naịjirịa. Asụsụ Igbo na-egosi omenala na ihe dị iche iche ndị Igbo nwere dịka o siri dị mkpa. Uru asụsụ Igbo bara n'ihe gbasara agụmakwụkwọ, iwelite ndụ mmadụ na obodo elu abụghị ihe a ga-eleghara anya. N'ihi nke a, Gọọmenti etiti nke Naịjirịa kọwara n'akwụkwọ iwu gbasara agụmakwụkwọ n'afọ puku abụọ na anọ; Federal Republic fo Nigeria 'FRN' (2004) na:

> Ndị gọọmenti kwetara na asụsụ na-aba uru iji kwalite mmekọrịta mmadụ na ibe ya, obodo na obodo iji chekwaba omenala nakwa ịdị n'otu n'ala anyị. Nwatakịrị ọbụla ga-amụrịrị otu asụsụ ala anyị bụ Naịjirịa nke a ga-akụziri ụmụ akwụkwọ dị n'ala anyị (P.8).

Asụsụ Igbo bụ asụsụ ụdaolu. Ọ bụ asụsụ e ji ụda ya ma a na-asụ ya amata ihe ọ na-akọwa. Asụsụ ụdaolu bụ asụsụ e ji piichi maọbụ ogoolu ezipụta ndịiche dị n'etiti mọfịm abụọ maọbụ karịa, nkebiokwu abụọ maọbụ karịa dịka ha yiri onwe ha site n'ụdaume, myiriụdaume na mgbochiume dịgasị na ha. Ụdaolu bụ ọnọdụ ogoolu na anọ mgbe a na-akpọpụta mkpụrụokwu. Ọ bụkwa ụda ndị ahụ pụtara mmadụ n'ọnụ mgbe onye ahụ kpọpụtara mkpụrụokwu. Ụda na-esi n'olu okwu mmadụ nwere ike ria elu, dị ala maọbụ nọrọ n'etiti mgbe a na-akpọpụta okwu. Ụdaolu nwekwara ike ịbụ etu ụda ọbụla si ada na ntị mgbe a na-akpọpụta ya ga-egosi ihe okwu dị otu a pụtara. Asụsụ Igbo so n'asụsụ nwere ụdaolu. Ọ bụ site n'ụdaokwu Igbo ka e si amata nghọta okwu ahụ. Nke a bụ eziokwu n'ihi na ụdaokwu na-ewepụta ihe okwu pụtara maọbụ ihe okwu bụ. Mgbe a na-akpọpụta mkpụrụokwu maọbụ okwu, ụda ndị ahụ na-apụtawa ihe bụ ụdaolu. Na nkọwa nke ha, Emenanjo, Okolie na Ekwe (2010) gosiri ụdaolu dịka ọnọdụ oluokwu mmadụ na-anọ mgbe a na-akpọpụta mkpụrụokwu ahụ. Olu okwu dịka ha siri kọwaa nwere ike rịa elu, dị ala maọbụ nọrọ n'etiti. Nke a bụ eziokwu n'ihi na mgbe

ọbụla a na-akpọpụta okwu, ogoolu na-egosipụta ọnọdụ okwu onye ahụ ma ọ rịrị elu ma ọ dara ala maọbụ na ọ nọ n’etiti. Nwadike na ndị ọzọ (2014) kọwara ụdaolu dịka ihe ọmụmụ na-amụ ka olu okwu mmadụ si arị elu maọbụ ada ala. Otu e si welie olu elu maọbụ wedata olu mgbe a na-akpọpụta mkpụrụokwu ọbụla ka a ga-eji mata okwu nke a na-ekwu maka ya. Ya bụ na mweli maọbụ mweda olu wee kpọpụta mkpụrụokwu iji zipụta ụda ka a kpọrọ ụdaolu. Ofor n’ime Ngoesi (2004) kọwara ụdaolu dịka ụzọ dị iche iche a na-eji ogoolu egosipụta ndịiche dị n’etiti okwu maọbụ ahịrịokwu abụọ ndị yiri onwe ha ma n’ụdị mkpụrụ edemede maọbụ n’ụdị mkpụrụokwu mebere ha nwere ike isite naanị n’ụdị akara ụdaolu a kanyere na ha.

Akara ụdaolu pụtara akara ndị ahụ e ji ezipụta ọnọdụ oluokwu mmadụ mgbe onye ahụ na-akpọpụta mkpụrụokwu. Ọ bụ akara ndị ahụ e ji ezipụta ndịiche dị na mkpụrụokwu abụọ maọbụ karịa yiri onwe ha na nsupe. Ọ bụ akara e ji ezipụta mgbe olu okwu mmadụ gbadara ala maọbụ mgbe ọ dị larịị. Akara ụdaolu na-eme ka a kpọpụta ụdaokwu etu kwesịrị ekwesị . Nke a pụtara na akara ụdaolu bụ nke na-akọwapụtara mmadụ ka e si akpọpụta okwu yiri onwe ha na nsupe. E nwekwara ike ịkọwa akara ụdaolu dịka ihe e ji egosi kpọmkwem ụdị ụda a chọrọ ka okwu nwee. Akara ụdaolu atọ pụtara ihe n’odide asụsụ Igbo. Ha gụnyere: akara ụdaelu(/) , akara ụdaala(\) na akara ụdansụda(-). A na-etinye akara ụdaolu elu mgbe ụdaokwu dị elu, a na-etinyekwa nke ala mgbe ụdaokwu dị ala, tinyekwa nke nsụda mgbe ụdaokwu arịghị elu ma ya adaghị ala. Ngoesi (2004) kọwara akara ụdaolu dịka akara ndị ahụ a na-etinye ụdaolu ka o wee zipụta nghọta a chọrọ. Tupu e tinye akara ụdaolu n’okwu, a ga-ebu ụzọ kpọpụta okwu ahụ n’olu ọ ga-enwe ezi nghọta n’usoro ebe ọ dị. A ga-achọpụta nkejiokwu ole okwu ahụ nwere n’ihi na ọ bụ nkejiokwu ole okwu nwere na-egosi akara ụdaolu ole a ga-akanye n’okwu ahụ.

Akara ụdaolu bụ akara dị iche iche e ji egosipụta ụdaolu n’edemede Igbo. Ofomata (2010) mere ka a mata na ọ bụ maka na asụsụ Igbo bụ asụsụ ụdaolu kpatara e jiri wepụta akara ụdaolu a ga-eji were na-ama okwu nke bụ nke. Akara ụdaolu bụkwa akara e ji ezipụta ihe odee bu n’uche ka ọgụụ wee ghọta ihe odee bu n’uche. Nke a pụtara na site n’akara ụdaolu ka ọgụụ si aghọta maọbụ edepụta ihe odee bu n’uche banyere mkpụrụokwu ọ kachasị nke

nwere otu nsụpe. Nze (2011) kọwakwara akara ụdaolu dịka akara a na-etinye n'okwu ndị nwere ọtụtụ mpụtara iji gosi ndịiche n'ụda dị na mkpụrụokwu nke ọbụla. Ọ gara n'ihu kọwaa na anaghị etinye akara ụdaolu na mkpụrụ edemede mgbochiume kama naanị ebe a na-etinye akara ụdaolu bụ na ụdaume nakwa myiriụdaume. Ọ bụ akara ụdaolu a na-etinye n'okwu Igbo ka e ji ama ihe okwu ahụ pụtara. Ọfọmata (2005) kọwara na ọ bụ akara ụdaolu na-egosi ndịiche n'ụda n'okwu ndị ahụ nwere otu myiri na ndapụta ha. Ọ bụ otu onye na-akpọpụta okwu ahụ si dewe olu ka akara ụdaolu ya ga-esi wee dị. O nwere okwu ụfọdụ nwere nghọta ruru abụọ maọbụ karịa n'asụsụ Igbo ma ọ bụ naanị mgbe e tinyere ha akara ụdaolu ka a ga-enwe ike ịmata ha. Ọmụmaatụ: mkpụrụokwu a bụ 'isi' dị ụzọ anọ; isi (akụkụ ahụ mmadụ), isi (ahụghị ụzọ), isi (ajọ ikuku) na isi (nkwadobe ihe oriri). Ọ bụrụ na e dee mkpụrụokwu a n'etinyeghị ya akara ụdaolu, ọ ga-esi ezigbo ike ịmata nke a na-ekwu maka ya.

Ọtụtụ ụmụ akwụkwọ amaghị ka e si etinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu. Nke a pụtara ihe n'ozi onye isi ule WAEC (2017) banyere amaghị ka e si etinye akara ụdaolu nke ọtụtụ ụmụ akwụkwọ. O kwupụtara na ọtụtụ n'ime ụmụ akwụkwọ amaghị ka e si etinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu, ọ kachasị nke yitere onwe ha na nsupe.

Otụtụ nsogbu dị iche iche ka ụmụ akwụkwọ nwere ike inwe mgbe ha na-etinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu nke olundị bụ otu n'ime ha. Ọtụtụ olundị dị iche iche e nwere n'asụsụ Igbo nwere ike ibutere ụmụ akwụkwọ nsogbu mgbe ha na-etinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu. Olundị ndị a dịka Emenanjo (1982) siri kwupụta, nwere ike na-emetụta Igbo Izugbe mgbe ụmụ akwụkwọ na-etinye akara ụdaolu Igbo na mkpụrụokwu.

Amaghị mkpụrụ edemede Igbo na amaghị ebe a na-etinye ntụpọ tinyere amaghị asụpe okwu Igbo, e nweghị ike ịgụ mkpụrụokwu Igbo na anaghị enwe mmasị n'ọmụmụ asụsụ Igbo nwekwara ike bụrụ nsogbu ọzọ ụmụ akwụkwọ na-enwe n'itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo. Ụmụ akwụkwọ nwekwara ike inwe nsogbu n'itinye akara edemede maka usoro ndị nkụzi na-agbaso mgbe ha na-akụziri ha ụdaasụsụ (Nwadike, 1990). Ọ bụrụ na ọ bụghị nke ha na-aghọta nke ọma, ọ ga-enye ha nsogbu. Ndị nkụzi na-akụzi asụsụ

Igbo nke ụdaolu bụ otu n'ime ihe ha na-akụzi dịkwazi ka ha so na nsogbu ụmụ akwụkwọ na-enwe n'itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo. Nke a bụ maka na ụfọdụ ndị nkụzi amaghị ka e si akpọpụta mkpụrụokwu Igbo nke ọma dịka o si metụta ụdaolu. Onye nkụzi na-akpọpụtaghị mkpụrụokwu nke ọma agaghị etinye akara ụdaolu okwu ahụ etu o kwesịrị. N'otu aka ahụ kwa, ụmụ akwụkwọ ọ na-akụziri agaghịkwa ama ka e si etinye akara ụdaolu okwu ahụ, maka na ọ hịara ahụ mmadụ inye onye ọzọ ihe o nweghị . N'ihi nke a ka o ji dị mkpa na ndị na-akụziri ụmụakwkwọ ihe ga-abụ ndị a zụrụ nke ọma maka nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo.

N'agbanyeghị mbọ niile a na-agba ịkwalite ụmụ akwụkwọ ka ha nwee mmasị ịmụ etu e si etinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo, ụfọdụ ụmụ akwụkwọ ejighị nke a kpọrọ ihe. Nsogbu a na-apụtakarị ihe ma ọ bụrụ ná mpụrụokwu abụọ maọbụ karịa yiri onwe na nsupe. Onye nchọcha chọpụtara nke a mgbe ọ gara nleta ụmụ akwụkwọ nọ n'afọ nke ikpeazụ na ngalaba Mmụta Nka na mahadum Naịjirịa, Nsụka ndị gara ọmụmụ n'ụlọakwụkwọ maka ịbụ ndị nkụzi. O depụtara ọtụtụ mkpụrụokwu nwere otu nsupe na klaasị ma gwa ụmụ akwụkwọ ndị ha na-akụziri ka ha were akara ụdaolu zipụta ndịiche dị na ha, mana o nweghị onye nwere ike ime nke a nke ọma. Ọ bụ nke a mere onye nchọcha ji chọọ ịchọpụta nsogbu ụmụ akwụkwọ na-enwe n'itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo ọ kachasị n'ogo siniọ sekọndịrị.

Mbunuche nchọcha a nke izugbe bụ ichọpụta nsogbu ụmụ akwụkwọ na-enwe n'itnye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo. Nchọcha a lebara anya kpọmkwem na mbunuche ndị a:

1. Ịchọpụta ka usoro nkụzi dị iche iche ndị nkụzi ji akụzi akara ụdaolu si emetụta ụmụ akwụkwọ n'itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo.
2. Ileba anya ka olundị Nsụka si ebute nsogbu banyere itinye akara ụdaolu n'ebe ụmụ akwụkwọ sekọndịrị nọ.
3. Ịchọpụta ka mmasị ụmụ akwụkwọ nwere si emetụta ha n'ọmụmụ akara ụdaolu Igbo.
4. Ịchọpụta nsogbu ụmụ akwụkwọ sekọndịrị na-enwe gbasara amaghị etinye akara ụdaolu Igbo.

E wepụtara ajụjụ anọ maka nchọcha a:

1. Kedu ka usoro nkụzi dị iche iche ndị nkụzi ji akụzi ihe si emetụta ụmụ akwụkwọ n'itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo?
2. Kedu ka olundị Nsụka si ebute nsogbu banyere itinye akara ụdaolu n'ebe ụmụ akwụkwọ sekọndịrị nọ?
3. Kedu ka mmasị ụmụ akwụkwọ nwere si emetụta ha n'ọmụmụ akara ụdaolu Igbo?
4. Kedu nsogbu ụmụ akwụkwọ sekọndịrị na-enwe gbasara amaghị etinye akara ụdaolu Igbo?

## 2 Usoro Nchọcha

Udị nchọcha e jiri mee nchọcha a bụ nke sọvee nkọwa. Nworgu (2015) kọwara sọvee nkọwa dịka ihe ọmụmụ na-amụ etu e si achịkọta data ma kọwaa n'ụzọ doro anya, ihe gbasara mmadụ ole na ole maọbụ ọnụọgụgụ ndị e jiri mee nchọcha. Ụdị nchọcha a bụ nke ga-enye aka inweta ụsa dị mkpa nakwa echiche ndị mmadụ n'ihe gbasara nsogbu ụmụ akwụkwọ nọ na sekọndịrị ọ kachasị n'ogo siniọ sekọndịrị na-enwe n'itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo n'okpuru ọchịchị Nsụka. Ebe onye nchọcha mere nchọcha a bụ n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị dị n'okpuru ọchịchị Nsụka nke steeti Enugu. Ụmụ akwụkwọ narị abụọ bụ nke e ji usoro ebumnobi wee họrọ ka e ji mee nchọcha a.

Ngwa nchọcha e ji mee nchọcha a bụ njụmaza, nke isiokwu ya bụ Njụmaza Nsogbu Ụmụ akwụkwọ na-enwe N'itinye Akara ụdaolu na Mkpụrụokwu Igbo (NNUNNAMI) nke onye nchọcha ji aka ya mepụta. Ọ bụ ndi ọkammụta nọ na ngalaba Mmụta Nka na ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naịjirịa ndị ọzọ na Mahadum Naịjirịa, Nsụka tulere ya. Ajụjụ dị iri abụọ na anọ nke ụmụ akwụkwọ zara mebere NNUNNAMI. E ji miin na ndịpụ n'izugbe (Standard Deviation) wee hazie ma tụchaa data e nwetara na nchọcha a. Akara miin bidoro na 2.50 gbagowe ka a nabatara dịka ọsịsa dabara n'ihe a na-achọ, ebe akara miin pekarịrị 2.50 bụ ndị anabataghị na nchọcha a.

## Nchọpụta

### Ajụjụ Nchọcha Nke Mbụ

Kedu ka usoro nkụzi dị iche iche ndị nkụzi ji akụzi ihe si emetụta ụmụ akwụkwọ n'itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo?

**Tebul 1**: Ọsịsa miin na ndịpụ n'izugbe ka usoro nkụzi dị iche iche ndị nkụzi ji akụzi ihe si emetụta ụmụ akwụkwọ n'itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo.

| **Ọnụ ọgụ** | **Ndịna** | $\bar{X}$ | **SD** | **Nkọwa** |
|---|---|---|---|---|
| 1 | Ndị nkụzi na-akụzi ụdaolu site n'ikwugharị ihe ha kụziri gbasara ụdaolu iji me ka mmụta dịrị ụmụ akwụkwọ nso. | 2.50 | 1.11 | Anabatara |
| 2 | Ndị nkụzi na-akụzi akara ụdaolu site n'inye ha ihe omume nke na-eme ka ha tinye uchu n'ịmụta ụdịdị akara nke ọbụla. | 2.52 | 1.13 | Anabatara |
| 3 | Ndị nkụzi na-akpọpụta ụmụ akwụkwọ na klaasị ka ka ha kanye akara ụdaolu n'ọtụtụ mkpụrụokwu nwere otu nsupe. | 2.30 | 0.91 | Anabataghị |
| 4 | Ndị nkụzi na-eji ọmụmatụ dị iche iche akụzi ụdaolu nke na-enyere ha aka ịmụta ka e si etinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu. | 2.63 | 1.63 | Anabatara |
| 5 | Ndị nkụzi na-eji ụzọ egwuregwu akụzi akara ụdaolu iji me ka ụmụ akwụkwọ cheta ihe a kụziri ha ọsọ ọsọ. | 2.24 | 0.56 | Anabataghị |
| | Nchịkọta | 2.44 | 1.07 | Anabataghị |

Tebul nke mbụ gosiri ọsịsa miin na ndịpụ n'izugbe ka usoro nkụzi dị iche iche ndị nkụzi ji akụzi ihe si emetụta ụmụ akwụkwọ n'itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo. Site na tebulu a, ndị zara ajụjụ nabatara ndịna ajụjụ nke mbụ, nke abụọ na nke anọ ndị akara miin ha bụ 2.50, 2.52 na 2.63 n'otu n'otu. Nke a pụtara na ndị nkụzi ikwugharị ihe ha kụziri gbasara ụdaolu, inye ha ihe omume na iji ọmụmatụ dị iche iche kụzi ụdaolu bụ usoro dị mma nke na-emetụta ụmụ akwụkwọ n'itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo. N'aka nke ọzọ, ndị zara ajụjụ anabataghị ndịna ajụjụ nke atọ na nke ise ndị akara miin ha bụ 2.30 na 2.24. Nke a pụtara na ndị nkụzi anaghị akpọpụta ụmụ akwụkwọ na klaasị ka ha kanye akara ụdaolu n'ọtụtụ mkpụrụokwu nwere otu nsupe. Ha anaghịkwa eji ụzọ egwuregwu akụzi ihe. Nke a bụ usoro ọjọọ na-emetụta ụmụ akwụkwọ n'itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo.

**Ajụjụ Nchọcha nke Abụọ**

Kedu ka olundị Nsụka si ebute nsogbu banyere itinye akara ụdaolu n'ebe ụmụ akwụkwọ sekọndịrị nọ?

**Tebul 2**: Ọsịsa miin na ndịpụ n'izugbe ka olundị Nsụka si ebute nsogbu banyere itinye akara ụdaolu n'ebe ụmụ akwụkwọ sekọndịrị nọ.

| **Ọnụọgụ** | **Ndịna** | $\overline{X}$ | **SD** | **Nkọwa** |
|---|---|---|---|---|
| 6 | Ndị nkụzi na-eji olundị Nsụka akụzi ụdaolu nke na-eme ka ọ hia ụmụ akwụkwọ ahụ itinye akara ụdaolu n'Igbo izugbe. | 3.10 | 0.83 | Anabatara |
| 7 | Ọtụtụ ndị nkụzi Igbo amaghị asụ Igbo izugbe nke ọma nke mere na ha na-ejikarị olundị akụzi ihe. | 3.08 | 0.92 | Anabatara |
| 8 | Olundị Nsụka ụfọdụ ndị nkụzi ji akụzi ihe na-eme na ha anaghị etinye akara ụdaolu kwesịrị ekwesị na | 3.37 | 0.86 | Anabatara |

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| | mkpụrụokwu ebe ọ dị iche na Igbo izugbe . | | | |
| 9 | Ụmụ akwụkwọ amaghị ka e si etinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo izugbe ebe ọ bụ olundị Nsụka ka e ji akụziri ha asụsụ Igbo nke ụdaolu bụ otu n'ime ya. | 2.63 | 0.93 | Anabatara |
| 10 | Olundị ndị nkụzi ji akụzi ihe anaghị ekwe ụmụ akwụkwọ ghọta mgbe okwu gbagoro elu na mgbe ọ gbadara ala. | 3.32 | 0.82 | Anabatara |
| 11 | Ụmụ akwụkwọ na-etinye akara ụdaolu nke ọma maka na enweghị ndịiche na mkpọpụta mkpụrụokwu n'olundị Nsụka na Igbo izugbe. | 2.20 | 0.72 | Anabatahgị |
| 12 | Ụmụ akwụkwọ na-asụpe mkpụrụokwu n'olundị Nsụka karịa isupe ya n'Igbo izugbe. | 3.00 | 0.70 | Anabatara |
| Nchịkọta | | 2.96 | 0.83 | Anabatara |

Tebul nke abụọ gosiri ọsịsa miin na ndịpụ n'izugbe ka olundị Nsụka si ebute nsogbu banyere itinye akara ụdaolu n'ebe ụmụ akwụkwọ sekọndịrị nọ. Data e gosipụtara na tebul nke abụọ na-egosi na ndị zara ajụjụ kwenyere na ndịna ajụjụ nke isii rue na nke iri, tinyere nke iri na abụọ ndị akara miin ha bụ 3.10, 3.08, 3.37, 2.63, 3.32 na 3.00 n'otu n'otu. Nke a pụtara na ndịna ajụjụ ndị a bụcha ụzọ olundị Nsụka si ebute nsogbu banyere itinye akara ụdaolu n'ebe ụmụ akwụkwọ sekọndịrị nọ. N'aka nke ọzọ, ndị zara ajụjụ ekwenyeghị na ndịna ajụjụ nke iri na abụọ nke akara miin ya bụ 2.20. Nke a na-egosi na ha ekwenyeghị na ụmụ akwụkwọ na-etinye

akara ụdaolu nke ọma maka na enweghị ndịiche na mkpọpụta mkpụrụokwu n'olundị Nsụka na Igbo izugbe.

**Ajụjụ Nchọcha nke Atọ**

Kedu ka mmasị ụmụ akwụkwọ nwere si emetụta ha n'ọmụmụ akara ụdaolu Igbo?

**Tebul 3**: Ọsịsa miin na ndịpụ n'izugbe ka mmasị ụmụ akwụkwọ nwere si emetụta ha n'ọmụmụ akara ụdaolu Igbo.

| Ọnụọgụ | Ndịna | $\overline{X}$ | SD | Nkọwa |
|---|---|---|---|---|
| 13 | Ụmụ akwụkwọ anaghị enwe mmasị itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo nke na-eme ka ha na-ada ule. | 3.53 | 0.74 | Anabatara |
| 14 | Ụmụ akwụkwọ na-enwe mmasị ide na ịsụ asụsụ Igbo nke ụdaolu bụ otu ngalaba ya. | 2.29 | 0.94 | Anabataghị |
| 15 | Ụmụ akwụkwọ na-enwe mmasị itinye akara ụdaolu n'okwu ụfọdụ e ji ede edemede ọ kachasị ndị ahụ nsupe ha bụ otu ma nghọta ha dị iche iche. | 1.93 | 1.22 | Anabataghị |
| 16 | Ụmụ akwụkwọ anaghị enwe mmasị ịnọ mgbe a na-akụzi akara ụdaolu nke na-eme ka ọ hịa ha ahụ ịmụta ya. | 3.13 | 1.06 | Anabatara |
| 17 | Ụmụ akwụkwọ na-ada akara ụdaolu n'ihi enweghị mmasị ha n'ịzụta akwụkwọ na-akụzi maka ya. | 3.40 | 0.82 | Anabatara |
| Nchịkọta | | 2.86 | 0.96 | Anabatara |

Tebul nke atọ gosiri ọsịsa miin na ndịpụ n’izugbe (standad divieshọn) ka mmasị ụmụ akwụkwọ nwere si emetụta ha n’ọmụmụ akara ụdaolu Igbo. Site na tebul a, ndị zara ajụjụ kwenyere na ndịna ajụjụ nke iri na atọ, iri na isii na nke iri na asaa. Nke a pụtara na ka mmasị ụmụ akwụkwọ nwere si emetụta ha n’ọmụmụ akara ụdaolu Igbo gụnyere : enweghị mmasị ha n’itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo nke na-eme ka ha na-ada ule, enweghị mmasị ha ịnọ mgbe a na-akụzi akara ụdaolu nke na-eme ka ọ hịa ha ahụ ịmụta ya na enweghị mmasị ha n’ịzụta akwụkwọ na-akụzi maka ya. N’aka nke ọzọ, ndị zara ajụjụ ekwenyeghị na ndịna ajụjụ nke iri na anọ na nke iri na ise ndị akara miin ha bụ 2.29 na 1.93 n’otu n’otu. Nke a gosiri na ndị zara ajụjụ ekwenyeghị na ndịna ajụjụ ndị a bụ ka mmasị ụmụ akwụkwọ nwere si emetụta ha n’ọmụmụ akara ụdaolu Igbo.

**Ajụjụ Nchọcha nke Anọ**

Kedu nsogbu ụmụ akwụkwọ sekọndịrị na-enwe gbasara amaghị etinye akara ụdaolu Igbo?

**Tebul 4**: Ọsịsa miin na ndịpụ n’izugbe nsogbu ụmụ akwụkwọ sekọndịrị na-enwe gbasara amaghị etinye akara ụdaolu Igbo.

| **Ọnụọgụ** | **Ndịna** | $\bar{X}$ | **SD** | **Nkọwa** |
|---|---|---|---|---|
| 18 | Ndị nkụzi ejighị nka doro anya akụzi ụdaolu . | 2.30 | 1.10 | Anabataghị |
| 19 | Ụfọdụ ndị nkụzi anaghị akụzi ụda asụsụ ọ kachasị akara ụdaolu. | 3.52 | 0.92 | Anabatara |
| 20 | Ọtụtụ ụmụ akwụkwọ nwere mmasị n’ọmụmụ asụsụ Igbo tụmadị akara ụdaolu. | 2.13 | 1.06 | Anabataghị |
| 21 | Ụmụ akwụkwọ na-enwe nsogbu n’ihi amaghị mkpụrụ edemede ndị a na-etinye akara ụdaolu na ha. | 3.29 | 0.79 | Anabatara |
| 22 | A na-amachibido ụmụ akwụkwọ ịsụ asụsụ Igbo n’ụlọakwụkwọ nke na- | 3.53 | 0.91 | Anabatara |
| 23 | adọghachi ọmụmụ asụsụ | 3.20 | 0.68 | Anabatara |

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| 24 | Igbo azụ nke ụdaolu bụ otu n'ime ngalaba ya. Ụmụ akwụkwọ na-enwe mgbagwoju anya n'itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu. Olundị na-ebutere ụmụ akwụkwọ nsogbu n'itinye akara ụdaolu. | 2.70 | 1.21 | Anabatara |
| Nchịkọta | | 2.95 | 0.95 | Anabatara |

Tebul nke anọ gosiri ọsịsa miin na ndịpụ n'izugbe nsogbu ụmụ akwụkwọ sekọndịrị na-enwe gbasara amaghị etinye akara ụdaolu Igbo. Site na tebul a, ndị zara ajụjụ kwenyere na ndịna ajụjụ nke iri na itọolu, iri abụọ na otu rue na nke iri abụọ na anọ ndị akara miin ha bụ 3.52, 3.29, 3.53, 3.20 na 2.70 n'otu n'otu. Nke a pụtara na nsogbu ụmụ akwụkwọ sekọndịrị na-enwe gbasara amaghị etinye akara ụdaolu Igbo gụnyere na: ụfọdụ ndị nkụzi anaghị akụzi ụda asụsụ ọ kachasị akara ụdaolu, ụmụ akwụkwọ amaghị mkpụrụ edemede ndị a na-etinye akara ụdaolu na ha tinyere na a na-amachibido ụmụ akwụkwọ ịsụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ nke na-adọghachi ọmụmụ asụsụ Igbo azụ nke ụdaolu bụ otu n'ime ngalaba ya. Ọ gụnyekwara na, ụmụ akwụkwọ na-enwe mgbagwoju anya n'itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu tinyere na olundị na-ebutere ụmụ akwụkwọ nsogbu n'itinye akara ụdaolu. N'aka nke ọzọ, ndị zara ajụjụ ekwenyeghị na ndịna ajụjụ nke iri na asatọ, na nke iri abụọ ndị akara miin ha bụ 2.30 na 2.13 n'otu n'otu. Nke a pụtara na ndịna ajụjụ ndị a esoghị na nsogbu ụmụ akwụkwọ sekọndịrị na-enwe gbasara amaghị etinye akara ụdaolu Igbo.

**Mkparịta ụka**

Nchọpụta nchọcha a gosiri na e nwere nsogbu ụmụ akwụkwọ sekọndịrị na-enwe n'itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo ọ kachasị n'okpuru ọchịchị Nsụka na steeti Enugu. Site na nchọcha a, usoro dị iche iche ndị nkụzi ji akụzi ihe na-emetụta ụmụ akwụkwọ n'itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo. Ndị nkụzi anaghị akpọpụta ụmụ akwụkwọ na klaasị ka ha kanye akara ụdaolu

n’ọtụtụ mkpụrụokwu nwere otu nsupe. Ha anaghịkwa eji ụzọ egwuregwu akụzi ihe. Usoro ndị a na-emetụta ụmụ akwụkwọ nke ọjọọ n’itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo. Nke a kwadoro ngosipụta Nwadike (1990) n’ọtụtụ ndị nkụzi anaghị eji usoro kwesịrị ekwesị were na-akụzi ụdaasụsụ Igbo.

Nchọpụta nchọcha a gosikwara na olundị Nsụka na-ebute nsogbu banyere itinye akara ụdaolu n’ebe ụmụ akwụkwọ sekọndịrị nọ. Nke a bụ maka na ndị zara ajụjụ kwenyere na ndị nkụzi na-eji olundị Nsụka akụzi ụdaolu nke na-eme ka ọ hia ụmụ akwụkwọ ahụ itinye akara ụdaolu n’Igbo izugbe. Ha kwenyekwara n’ọtụtụ ndị nkụzi Igbo amaghị asụ Igbo izugbe nke ọma nke mere na ha na-ejikarị olundị akụzi ihe ọ kachasị olundị Nsụka. Ọzọ, olundị Nsụkka ụfọdụ ndị nkụzi ji akụzi ihe na-eme na ha anaghị etinye akara ụdaolu kwesịrị ekwesị na mkpụrụokwu ebe ọ dị iche na Igbo izugbe, ọ na-emekwa na ụmụ akwụkwọ amaghị ka e si etinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo izugbe ebe ọ bụ olundị Nsụka ka e ji akụziri ha asụsụ Igbo nke ụdaolu bụ otu n’ime ya. Ụzọ ndị ọzọ olundị Nsụka si ebute nsogbu banyere itinye akara ụdaolu n’ebe ụmụ akwụkwọ sekọndịrị nọ dịka nchọcha a si gosipụta gụnyere: olundị ndị nkụzi ji akụzi ihe anaghị ekwe ụmụ akwụkwọ ghọta mgbe okwu gbagoro elu na mgbe ọ gbadara ala, ụmụ akwụkwọ anaghị etinye akara ụdaolu nke ọma maka na e nwere ndịiche na mkpọpụta mkpụrụokwu n’olundị Nsụka na Igbo izugbe tinyere na ụmụ akwụkwọ na-asụpe mkpụrụokwu n’olundị Nsụka karịa isupe ya n’Igbo izugbe. Nchọpụta ndị a kwadoro echiche Umo (2001) na mwebata olundị oge a na-akụzi ụtọasụsụ na-emetụta nkụzi na ọmụmụ nakwa itinye akara ụdaolu.

Sitekwa na nchọpụta nchọcha a, mmasị ụmụ akwụkwọ nwere na-emetụtakwa ha n’ọmụmụ akara ụdaolu Igbo. Ụmụ akwụkwọ anaghị enwe mmasị itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo nke na-eme ka ha na-ada ule. Ha anaghị enwe mmasị ide na ịsụ asụsụ Igbo nke ụdaolu bụ otu ngalaba ya. Ha anaghị enwe mmasị itinye akara ụdaolu n’okwu ụfọdụ e ji ede edemede ọ kachasị ndị ahụ nsupe ha bụ otu ma nghọta ha dị iche iche. Mmasị ụmụ akwụkwọ nwere na-emetụtakwa ha n’ọmụmụ akara ụdaolu Igbo n’ihi na ha anaghị enwe mmasị ịnọ mgbe a na-akụzi akara ụdaolu nke na-eme ka ọ hịa ha ahụ ịmụta ya. Ha na-ada akara ụdaolu n’ihi enweghị

mmasị ha n'ịzụta akwụkwọ na-akụzi maka ya. Nchọpụta ndị a dabara na ngosipụta onye isi ule WAEC (2017) na ọtụtụ ụmụ akwụkwọ amaghị ka e si etinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu, ọ kachasị nke yitere onwe ha na nsupe n'ihi na ha anaghị enwe mmasị n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Nke a bụ eziokwu n'ihi n'ụfọdụ n'ime ha na-eche ma na-ahụta ndị na-etinye uchu n'ọmụmụ asụsụ Igbo dịka ndị amaghị akwụkwọ.

Nchọpụta nchọcha a gosikwara nsogbu ụmụ akwụkwọ sekọndịrị na-enwe gbasara amaghị etinye akara ụdaolu Igbo. Ụfọdụ nsogbu ndị a gụnyere na: ụfọdụ ndị nkụzi anaghị akụzi ụda asụsụ ọ kachasị akara ụdaolu, ụmụ akwụkwọ na-enwe nsogbu n'ihi amaghị mkpụrụ edemede ndị a na-etinye akara ụdaolu na ha tinyere na a na-amachibido ụmụ akwụkwọ ịsụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ nke na-adọghachi ọmụmụ asụsụ Igbo azụ nke ụdaolu bụ otu n'ime ngalaba ya. Ọzọkwa, ụmụ akwụkwọ na-enwe mgbagwoju anya n'itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu tinyekwara na olundị na-ebutere ha nsogbu n'itinye akara ụdaolu. Nchọpụta ndị a kwadoro nke Emenanjo (1982) na olundị nwere ike na-emetụta Igbo Izugbe mgbe ụmụ akwụkwọ na-etinye akara ụdaolu Igbo na mkpụrụokwu. Nke a bụ eziokwu maka na onye nkụzi jiri olundị na-akụziri ụmụ akwụkwọ asụsụ Igbo okachasị ụdaolu, ha ga-enwe mgbagwoju anya n'ihi ndịiche a ga-enwe na mkpọpụta mkpụrụokwu Igbo izugbe na olundị ahụ. Nke a ga-eme ka ọ hia ụmụ akwụkwọ ahụ ịma ka e si etinye akara ụdaolu na mpkụrụokwu Igbo.

## Mmechi, Mpụtara na Ntụnye Aro

Ọtụtụ nsogbu ka ụmụ akwụkwọ sekọndịrị na-enwe n'itinye akara ụdaolu Igbo na mkpụrụokwu. Ụfọdụ nsogbu ndị a bụ nke sitere n'aka ndị nkụzi ebe ụfọdụ sitere n'aka ụmụ akwụkwọ. Olundị Nsụka na-ebute nsogbu banyere itinye akara ụdaolu n'ebe ụmụ akwụkwọ sekọndịrị nọ maka na ndị nkụzi na-eji olundị Nsụka akụzi ụdaolu nke na-eme ka ọ hia ụmụ akwụkwọ ahụ itinye akara ụdaolu n'Igbo izugbe. Ọtụtụ ndị nkụzi Igbo amaghị asụ Igbo izugbe nke ọma nke mere na ha na-ejikarị olundị akụzi ihe ọ kachasị olundị Nsụka. Mmasị ụmụ akwụkwọ nwere na-emetụtakwa ha n'ọmụmụ akara ụdaolu Igbo. Ha anaghị enwe mmasị itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo, nke a na-eme ka ha na-ada ule. Ha anaghị enwe mmasị ịnọ mgbe a na-akụzi akara ụdaolu nke na-eme ka ọ hịa ha

ahụ ịmụta ya. Nsogbu ụmụ akwụkwọ sekọndịrị na-enwe gbasara amaghị etinye akara ụdaolu Igbo gụnyere na: ụfọdụ ndị nkụzi anaghị akụzi ụdaasụsụ ọ kachasị akara ụdaolu, ụmụ akwụkwọ na-enwe nsogbu n'ihi amaghị mkpụrụ edemede ndị a na-etinye akara ụdaolu na ha na ihe ndị ọzọ.

Nsogbu dị iche iche ụmụ akwụkwọ sekọndịrị na-enwe n'itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo emeela n'ọtụtụ n'ime ha amaghị ka e si akpọpụta mkpụrụokwu Igbo. Olundị Nsụka na-ebute nsogbu banyere itinye akara ụdaolu n'ebe ụmụ akwụkwọ sekọndịrị nọ. Olundị Nsụka ndị nkụzi ji akụzi ụdaolu emeela ka ọ hia ụmụ akwụkwọ ahụ itinye akara ụdaolu n'Igbo izugbe. Ọtụtụ ndị nkụzi Igbo amaghị asụ Igbo izugbe nke ọma nke a emeela na ha na-ejikarị olundị akụzi ihe ọ kachasị olundị Nsụka. Nke a emekwaala n'ọtụtụ ụmụ akwụkwọ amaghị asụ nke ha ma ede Igbo izugbe.

Enweghị mmasị ụmụ akwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo emeela n'ọtụtụ n'ime ha amaghị etinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo. Nke a emekwaala ka ha na-ada ule ọ kachasị na nkega ụdaasụsụ. O mekwaala ka na ha anaghị enwe mmasị ịnọ mgbe a na-akụzi akara ụdaolu nke mere ka ọ hịa ha ahụ ịmụta ya. Anaghị akụzi ụdaasụsụ ọ kachasị ụdaolu na akara ụdaolu nke ụfọdụ ndị nkụzi na-eme, emeela ka ọtụtụ ụmụ akwụkwọ na-enwe nsogbu n'ihi amaghị mkpụrụ edemede ndị a na-etinye akara ụdaolu na ha. Mmachibido a na-amachibido ụmụ akwụkwọ ịsụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ ebutela ndọghachiazụ ọmụmụ asụsụ Igbo nke ụdaolu bụ otu n'ime ngalaba ya. Mgbagwoju anya ụmụ akwụkwọ na-enwe n'itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo emeela na ha amaghị ndịiche dị na mkpụrụokwu ndị nwere otu nsupe

Ọ bụ oke na ọrụ ndị nkụzi ịkwụsị maọbụ ibelata nsogbu ụmụ akwụkwọ na-enwe n'itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo site n'iji usoro kwesịrị ekwesị were na-akụziri ha ihe. Ndị nkụzi ga-akwụsị iji olundị Nsụka akụzi ụdaolu iji mee ka ụmụ akwụkwọ mụta ka e si etinye akara ụdaolu n'Igbo izugbe. O kwesịrị ka e mee ka ụmụ akwụkwọ mata mkpa ọ dị na ha ga-enwe mmasị n'ọmụmụ asụsụ Igbo, nke a ga-eme ka ha na-agafe n'ule ọ kachasị na nkega ụdaasụsụ. Ọ ga-enyekwara ha aka ịmụta ka e si etinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo. O kwesịrị ka ndị nkụzi gbaa mbọ na-akụzi

ụdaasụsụ tụmadị ụdaolu na akara ụdaolu iji gbochie nsogbu ụmụ akwụkwọ gbasara amaghị mkpụrụ edemede ndị a na-etinye akara ụdaolu na ha. A ga-akwụsị ịmachibido ụmụ akwụkwọ ịsụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ. Ọ bụrụ na e mee nke a tinyere ihe ndị ọzọ a rụtụrụla aka na mbụ, ọ ga-enye aka ịkwalite ọmụmụ asụsụ Igbo. Ọ ga-enyekwazi aka ibelata maọbụ kwụsị kpam kpam nsogbu ndị ahụ ụmụ akwụkwọ na-enwe n'itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo.

**Edensibịa**


Anayochukwu, L.O. (2005). *Nnyocha Agụmagụ Ederede na Ntụgharị N'asụsụ Igbo*. Enugu: Fidgma Global Service limited.

Anozie, C.C. (2010). *Lingwistiiki Sayensị Asụsụ*. Nsụka: Fulladu Publishing Company.

Emenanjo, E.N. (1982). Towards neocentral *Igbo. Journal of Linguistics Association of Nigeria.* 1, 149-174.

Emenanjo, E.N, Okolie, O.O. & Ekwe, B.U. (2010). *Igbo maka siniọ sekọndịrị*. Ibadan: University Press Plc.

Federal Republic of Nigeria, (2004). *National policy on education.* Lagos : NERDC Press.

Nwadike, I.U. (1990). *Nka na usoro nkụzi Igbo.* Onitsha: Ifunanya Publishers.

Nwadike, I.U. Et al (2014). *Mbido Igbo* 6. Onitsha: Kawuriz and Manilas Publishers Limited.

Nworgu, B.G. (2015). *Educational research: Basic issues and methodology*. Nsụka: University Trust Press.

Ngoesi, M.C. (2004) *Nchịkọta ihe ọmụmụ nke asụsụ Igbo maka ule siniọ sekọndịrị.* Anambra: Optimal Press Ltd.

Nze, (2011). *Usoro edemede Igbo na sekọndịrị nta.* Enugu: Computer Edge Publisher.

Odenigwe, O. (1998). *Atụmatụ agụmagụ na atụmatụ okwu*. Enugu: John Best publishers

Ofomata, C.E. (2002). *Ndezu ụtọasụsụ Igbo.* Enugu: Format Publishers Nig. Ltd.

Ofomata, C.E. (2010). *Ndezu ụtọasụsụ Igbo.* Enugu: Format Publishers Nig. Ltd.

Umo, C.U. (2001). "Teachers and Students Perception of Sources of Poor Performance in Senior School Certificate Examination in Igbo Language". In Kalu, W.J. et al (Eds). *International Journal of arts and Technology Education.*

West African Examinations Council (2017). *Chief examiners reports' Nigeria.* Lagos: WAEC

# Ndịna Na Akanka Abụ Echichi N'okpuje Nsukka

**Si N'aka**

**Ezesinachi, Juliet Ngozika**
**ngizi.sinachijuly@gmail.com 08033223859**

**Ihedigbo, Ruth Ebere**
**ebere.ihedigbo@unn.edu.ng ebere.ihedigbo@yahoo.com**
**08034722818**

**na**

**Eze, Monica Ngozika**
**monica.eze@unn.edu.ng 08068481351**

**Ụmịedemede**
Nchọcha a lebara anya n'abụ echichi n'Okpuje Nsukka. Mbunuuche nchọcha a bụ ileba anya na ndịna na akanka abụ echichi n'Okpuje. Atụtụ e ji mee nchọcha bụ atụtụ akanka. Ngwa ọrụ data e ji rụọ ọrụ bụ ajụjụ ọnụ. Nchọpụta e nwetere na nchọcha bụ na abụ echichi na-adi n'udị dị iche iche dịka otito, nke ekele, nke ikpe na nke nkọcha. Nchọcha a gosikwara na abụ echichi nwere ọrụ dị iche iche ọ na-arụ na ndụ ndị chiri echichi dịka inye ha ugwu na nsọpụrụ igba ha ume n'igosipụta mbụnụche ndị obodo ebe ha nọ. O gosikwara na abụ echichi nwere nke a na-abụ mgbe a na-echi echichi na nke a na-abụ mgbe ọbụla maka ndị chiri echichi. Nchọcha a chọpụtakwara na abụ echichi na-enwe ọgụụ na ndị nkwee. Ọzọ kwa, ọ chọpụtara na atụmaatụ okwu na-apụtakarị ihe n'abụ echichi bụ mbụrụ na egbeokwu. Abụ echichi anaghi adịzị ugbu a dịka ọ na-adị na mgbe mbụ. Arọ ndị nchọcha tụnyere bụ na ndị nchọcha ọzọ ga-eleba anya n'ọrụ, ọnọdụ na uru abụ echichi bara maka nkwalite omenaala na agụmagụ Igbo.

## Ntọala Nchọcha

Agụmagụ bụ echiche mmadụ chepụtara n'obi ya dee ya ede ma ọ bụ kwuputa ya n'ọnụ nkịtị nke na-enye amamihe, mkpalite nke mmụọ, obi ụtọ ma ọ bụ obi ọjọọ nakwa afọ ojuju. Dika Okoye

(2008) si kọwaa, agụmagụ bụ echiche dị omimi nke mmadụ maọbụ ndị mmadụ chepụtara maka mmadụ ibe ha, ogbe maọbụ obodo, maọbụ ihe ndị abụghi mmadụ dịka otu ọnwụ si bịa n'ụwa, otu ọkụ si pụta nakwa ihe kpatara ihe ụfọdụ ji emegasị. Site na nkọwa a, anyị ga-aghọta na agụmagụ adịghị n'ikuku. Agụmagụ na-egosi ụwa na ihe dị n'ime ụwa dị ka mmadụ, anụmanụ, osisi na ekereke ụwa ndị ọzọ niile. Ọ na-akọwakwa na agụmagụ kere ụzọ abụọ, agụmagụ ọnụ na agụmagụ ederede. Agụmagụ ndị a bụ otu, naanị ndịiche bụ na otu bụ nke e kwuru n'ọnụ ebe nke ọzọ bụ nke e deturu n'akwụkwọ. Ha abụọ na-egosi ụwa na ihe dị n'ime ụwa. Agụmagụ nwere ngalaba atọ, ha bụ akụkọ, abụ na ejije. Nke a na-egosi na ụzọ atọ a ka e nwere ike iji wee kọwaa ụwa na ihe dị n'ụwa. Ọtụtụ ndị odee na ndi, ọkamụta edeela ọtụtụ ihe banyere ụdị agụmagụ abụọ bụ akụkọ na ejije mana a bịa n'abụ nchọcha emereela na ya egosibeghi ihe gbasara abụ echichi. Nke a kpaliri mmụọ ndị nchọcha a ileba anya na ndịna na akanka abụ echichi Okpuje nke dị n'okpuru ọchịchi Nsụka.

Abụ bụ nzimozi nke si n'obi pụta nke e nwere ike dee n'akwụkwọ maọbụ zipụta n'ọnụ nke a na-eji okwu okpora ma ọ bụ okwu apịrị aka maọbụ nka okwu bụ ịgba ziputa n'ụzọ dị nke nke. Nze (2010) kọwara n'aka nke ya, na abụ bụ echiche mmadụ chepụtara n'obi ya wee dee ya edee ma ọ bụ kwuputa ya n'ọnụ nke na-enye amamihe, mkpalite nke mmụọ, obi ụtọ ma ọ bụ obi ọjọọ nakwa afọ ojuju. Nwadike (2014) kọwara n'abu bụ ihe metụtara ndị mmadụ na ndụ, ihe ndị ha nụrụ na nti, ihe ndị ha hụrụ n'anya, ihe ndị ha rọrọ na nrọ; ihe ndị ha hụrụ n'ọhụ, ihe ndị ha gụtara n'akwụkwọ, na ihe mere na ndụ ndị ọzọ. Na nkọwa nke ya, ọ bụ ihe ndị a niile e depụtara n'elu ka ndị mmadụ ji ede maọbụ agụ abụ. Abụ bụ ozuru mba ọnụ. Mba ọbụla nwere abụ ha ji egosiputa ọnọdụ dị iche iche dịka ọnọdụ ọchịchị, ọnọdụ ọnwụ, ọnọdụ ihụnanya, ọnọdụ nkatọ, ọnọdụ mkpesa na ọnọdụ ndị ọzọ dị iche iche.

N'ala Igbo e nwere abụ e ji ekele ndị chiri echichi ekele, abụ e ji akọcha ha, abụ e ji arịọ ha ihe, abụ e ji ekpesara ha mkpesa na ihe ndị ọzọ. Dịka Ihedigbo (2017) si kọwaa, abụ bụ otu ụzọ e si ezirita ozi. Abụ bidoro kamgbe ndị Igbo bidoro n'ụdị abụ ọnụ. Abụ bara oke uru n'echimechi ndị Igbo. Ọ na-ede obi karịa ogologo okwu. Mmadụ ọbụla nọ n'ụwa n'agbanyeghi ọkwa onye ahụ nọ na ya na-ege ntị n'abụ karịa mkpọtụ ọzọ. Abụ na-arụ ọrụ dị oke mkpa na mkpalite maọbụ mwulite obi ndị mmadụ. Ọ na-enyekwa aka eme

ka obi ndị mmadụ daa mba ọ kachasị mgbe ọ na-egosipụta ihe ọjọọ na ihe mwute maọbụ nkọcha. Ọ na-enyekwa aka n'ịkwalite mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Mgbe mmadụ na-agwa onye chiri echichi okwu buru ụzọ guọrọ ya egwu, ọ na-aka amịta mkpụrụ. Abụ bara oke uru n'ihe niile a na-eme n'ụwa bido na ngụgụ nwa wee rue n'abụ akwamaozu.

**Atụtụ e ji rụọ ọrụ**

Na mpaghara a, anyị ga-atulee ụfọdụ atụtụ metutere nchọcha a, mana n'ikpeazụ, anyị ga-atule atụtụ e ji mee ntụcha a kpọm kwem.

**Atụtụ Ọnọdụ**

Atụtụ ọnọdụ bụ nke Clifford Geertz chepụtara nke e deghi oge o ji chepụta ya, mana Annis na David (1978), meziri ka ọhanaeze mara maka ya bụ atụtụ. Ha kọwara atụtụ a dịka atụtụ na-achịkọta ebumunobi ndị mmadụ nke gbadoro ụkwụ n'ọnọdụ ihe jiri mee. Ha na-ekwu na nghọta ụda, mkpọtụ maọbụ okwu mmadụ kwuru na-agbado ụkwụ n'ihe na-eme mgbe ahụ. Atụtụ a na-egosi na tupu a ghọta ụda, mkpọtụ maọbụ okwu mmadụ kwuru na aga-ebu ụzọ lee anya n'ihe mere maọbụ na-eme maọbụ ọnọdụ e ji kwuo okwu ahụ.

Annis na David (1978) bụ ndị isi ahụrụ kwaba okpu atụtụ a, kwenyere na abụ ọbụla bara uru n'ọnọdụ maọbụ ihe na-eme mgbe a gụrụ ya. Atụtụ ọnọdụ bara uru na nchọcha a n'ihi na abụ echichi nwere uru na nghọta n'ebe ndị chiri echichi nọ.

**Atụtụ nrụmọru**

Atụtụ a so n'atụtụ kacha mkpa n'ọmụmụ asụsụ na agụmagụ. Onye weputara ya bụ Goldschamdt (1966), ọ na-akọwa mkpa ọ dị ileba anya n'ọrụ ihe na-arụ na ndụ mmadụ. Atụtụ a na-atụcha echiche na mmekọrịta ndị mmadụ. N'ihi nke a, agụmagụ na-arụ ọrụ pụrụ iche na ndụ mmadụ na mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Atụtụ a dị oke mkpa na nchọcha ọrụ na akanka dị n'abụ echichi n'ihi na abụ nwere ọrụ pụrụ iche ọ na-arụ na, mwulite na mkpalite mmụọ ndị chiri echichi.

**Atụtụ usoro abụ ọnụ kefọmụla (oral formulaic approach)**

Atụtụ a bidoro mgbe ọmụmụ ochie agụmagụ akụkọ banyere ike mmadụ maọbụ obodo kpara (epic), e wepụtazie ya nke

ọma n’etiti senchury nke iri abụọ. Ndị weputara atụtụ a bụ Millan Parry na Albert Lord (1968). Nke a mere na e nwere ike ikpọ atụtụ a *“Parry-Lord Theory”*. Atụtụ a bịara ịkọwa ihe abụọ. Ihe abụọ ndị ahụ bụ (1) usoro ndị ọgụụ abụ iweputa abụ na mberede maobụ n’adịghị nkwadobe (2) inye nkọwa ihe butere abụ ọnụ a kwadoghi akwado ji dị etu ọ dị. Echiche atụtụ a bụ na ndị ọgụụ abụ nwere ọba usoro ụkpụrụ abụ nke ha na-esi na ya agụ abụ mgbe ọbụla. N’echiche Millan Parry na Albert Lord (1968), atụtụ a gbanwere ọmụmụ abụ n’ụzọ mgbe ochie. O wetara ezigbo mgbanwe ọhụrụ n’ebe ndị ọka agụmagụ na agụmagụ mgbe ochie nọ. Na mgbe ochie, ndị ọgụụ abụ nwere mgbagwoju anya pụrụ iche n’ihe gbasara onye mbụ chepụtara akụkọ ndụ mana ugbu a, atụtụ a ekpochapụla ihe mgbagwoju anya ahụ site n’ikọwa na e nwere usoro ụkpụrụ abụ nke ndị ọgụụ na-esi e were abụ ha na-agụ. Atụtụ a metutara nchọcha a n’ihi na abụ echichi nwere usoro ụkpụrụ abụ nke ya.

**Ihe ndị emerela gbasara isiokwu**

Na mpaghara a, anyị ga-eleba anya n’ọrụ ndị a rụrụla gbasara abụ echichi n’ụzọ ọbụla. Mana, ọ bụ ihe itunaanya na o nwebeghi ọrụ mbụ a rụrụla banyere abụ echichi. N’agbanyeghị ihe ịtụnaanya a, anyị ga-atụcha ọrụ ndị a rụrụla banyere abụ ndị ọzọ n’agụmagụ Igbo.

Duruji (2005) mere nchọcha n’abụ emume Odo na Ngwoo. Ebumunuche ya bụ idepụta abụ a na-abụ mgbe a na-eme mmemme Odo. Ngwa nchọcha ya sitere n’ajụjụ ọnụ ọ gbara ndị na-eti Odo. O depụtara abụ ndị ahụ ma tụghariạ ha n’asụsụ bekee. Nchọcha ya gosiri na o nwere ebe abụ Odo Ngwoo siri yite abụ ọnụ ndị ọzọ. Ọ chọpụtakwara na abụ odo bara uru na ndụ ndị na-eti mmọnwụ Odo. Nchọcha Duruji (2005) na nchọcha a yitere onwe ha n’ihi na ha abụọ bụ abụ mmemme Igbo. Ha abụọ dị iche n’ihi na ebe Duruji mere nchọcha n’abụ emume Odo, nchọcha nke a na-elebe anya n’ọrụ na akanka abụ echichi.

Asogwa (2016) mere nchọcha n’abụ nnapụta n’Eha Alumona. Ebumunuche ya bụ idepụta abụ nnapụta n’akwụkwọ ka abụ ndị ahụ ghara ịnwụ anwụ, nakwa ka o jiri ya kagbuo nkwenye ndị ọcha nwere na agụmagụ ndị Afrika enweghi abụ. O jiri atụtụ nka mma wee mee ntụcha data ya. Nchọpụta ya gosiri na mma abụ na-esite n’ụda na atụmatụ okwu dị n’abụ ahụ. Nchọpụta ya gosịkwara na ọmụmụ abụ nnapụta adịghị ire n’ọmụmụ agụmagụ Igbo.

Nchọcha Asọgwa (2016) mere na nke a yitere onwe ha n'ihi na ha abụọ bụ abụ Igbo mana ha abụọ dị iche n'ihi na ebe Asọgwa nyọchara abụ nnapụta, nchọcha a na-enyocha ọrụ na akanka dị n'abụ echichi.

Ihedigbo (2017) lebara anya na ndịna na akanka abụ ọṅụnwa. Ebumnobi ya tinyere ịchọpụta ndịna na akanka abụ ọṅụnwa bụkwa ịchọpụta nnyemaka asụsụ dị n'abụ ọṅụnwa, myiri na ndịiche dị na ya nakwa ihe ọbịbịa ndị ọcha butere abụ ọṅụnwa. O jiri atụtụ abụọ were rụọ ọrụ. Ha bụ atụtụ ọrụ na atụtụ ọnọdụ (functionalism and contextualism theories). O nwetara data ya site n'ịgba ọhịa ajụjụ. Nchọpụta ya gosiri na abụ ọṅụnwa na-adị n'ụdị ọgụụ na nkwee. Ọzọ kwa, nchọpụta ya gosikwara na egwu ọṅụnwa nwere ndịna dịka ekpere, afọ ime, ọrụ dịrị mmadụ na ndụmọdụ. Ọ chọpụtakwara na ndị nne arapụla egwu ọṅụnwa n'ihi ụka ọgbara ọhụrụ na agụmagụ ndị ọcha wetere n'ala Igbo. Ọ chịkọtara ọrụ nchọcha ya site n'itinye arọ na ebe a naghị agọ mmụọ n'abụ ọṅụnwa, na ndị nne kwesịrị ijikọta ọnụ ma soro na-agụ egwu ọṅụnwa maka ịkwalite omenaala na ewumewu ndị Igbo. Ọrụ Ihedigbo (2017) na nke a yiri onwe ha n'ihi na ha abụọ na-atule ọrụ na akanka dị n'abụ ebe ha abụọ dị iche n'ihi na ebe Ihedigbo (2017) lebara anya n'ọrụ na akanka dị n'abụ ọṅụnwa , nchọcha nke a na-elebanya n'ọrụ na akanka dị n'abụ echichi.

**Atụtụ ntụcha data**

Atụtụ e jiri mee nchọcha bụ atụtụ akanka. Onye chepụtara atụtụ a bụ Yoshifumi, Saito (1997). Atụtụ a na-eleba anya n'omume maọbụ ka ihe si dị iche n'ihe ndị ọzọ. Ọ na-atụcha akanka e ji mee ihe. Iji atụtụ akanka wee nyocha abụ bụ iwepụta ma tụcha nkamma niile dị n' abụ. N'abụ echichi anyị na-elebanya, atụtụ akanka ga-enyere anyị aka iweputa nkamma na atụmatụ okwu niile dị n'abụ a ga-edepụta, nyocha ha ma tụchaa ha nke ọma. Atụtụ akanka na-enyocha ka ọgụụ abụ/ode si webata mkpụrụokwu, nkebiokwu, nkebiahịrị, ahịriokwu na atụmaatụ okwu niile dị n'abụ. Atụtụ ọzọ a ga-eji nyocha ma tụcha data nchọcha bụ atụtụ nrụm ọrụ maka na nchọcha a na-elebanya na ndina na akanka dị n'abụ echichi.

**Ntụcha data**

Na ntụcha abụ echichi, anyi na-enyocha ndịna ya nakwa akanka dị na ya. Anyị ga-ewebatakwa ma kọwaa abụ a na-agụ mgbe

a na-echi echichi nakwa abụ a na-agu mgbe a chọrọ ịhụ onye chiri echichi. Ya na abụ ndị e ji emeda ndị chiri echichi obi.

Abụ nke mbụ

| | |
|---|---|
| Ọgụụ | Eze anyị bụ odogwu |
| | Odogwu anəgə aba mba |
| Okwee | Eze anyị bụ odogwu |
| | Odogwu anəgə aba mba |
| Ọgụụ | Oliver bụ odogwu |
| | Odogwu anəgə aba mba |
| Okwee | Oliver bụ odogwu |
| | Odogwu anəgə aba mba |

Abụ a dị n'elu na-akọwa na eze ha bụ odogwu na odogwu anaghị aba mba. Ọgụụ gụchaa, ndị okwee ekwete ya. Abụ a ka a na-abụ iji too onye chiri echichi otito. Anyị lee anya na ya, anyị ga-ahụ n'isiokwu abụ a bụ otito. Abụ a nwekwara mbụrụ na ya "bụ odogwu". Olu e ji gụọ ya bụ olu otito.

Abụ nke abụọ

| | |
|---|---|
| Ọgụụ | lekwa ya lekwa ya |
| Okwee | lekwa ya na oyiri anyị o |
| Ọgụụ | lekwa igwe Okpuje |
| Okwee | lekwa ya na o yiri anyi oo |

N'abụ nke abụọ a, anyị ga-achọpụta na ndịna ya bụ mmetuta. E nwere myiri na ya. e ji abụ a egosi onye chiri echichi na o yiri ndị ọ na-achị. Nke a na-emekwa ndị chiri echịchi obi ụtọ mgbe ndị ọ na-achị na-egosi ya na ọ dị ka achọrọ.

Abụ nke atọ

| | |
|---|---|
| Ọgụụ | kelere anyị ndị operu owete |
| Okwee | kelere anyị ndị operu owete |
| Ọgụụ | Igwe Oliver Ayọgụ bụ operu owete |
| Okwee | kelere anyị ndị operu owete |

Abụ a na-egosi na igwe bụ ọgaranya zuru ka e mee maka na ọ bụghị onye ọbula ga-aba n'ụlọ weta ihe nye mmadụ ma ọ bụrụ na onye ahu enweghị. Ụfọdụ ọgaranya nwejuru ihe ụlọ mana ọ bụghị onye

ọbụla nwere mmụọ onyinye. Abụ a na-egosi na Igwe Oliver Ayọgụ bụ ọgaranya ma nwekwaa mmụọ onyinye.

Abụ nke atọ bụ abụ ekele na ịja mma. Ọgụụ abụ na-akọwa na igwe ha bụ ọ banye n'ụlọ oweputa ego. E nwekwara mbụrụ na ya bụ abụ ebe ọkpọabụ na-akọwa na igwe ya bụ operu owete. E nwekwara ụda n'ụsoro n'abụ ahụ - kelere – peru – wete. E nwere e e e na mkpụrụokwu ndị a sotere onwe ya.

Abụ nke anọ

| | |
|---|---|
| Ọgụụ | O chiri ọzọ emeghi ebubu |
| Okwee | Ọzọ afa ibine awa ya |
| Ọgụụ | Egwu ekwekwe ọzọ |
| Okwee | Ị bụrụ di ji chiere anyị ọzọ |
| Ọgụụ | Egwu ekwekwe ọzọ |
| Okwee | Chie mgbe n'abọ, chie mgba n'atọ |

Abụ nke anọ a bụ abụ ikpe. Ọ na-akọwa na onye chiri ọzọ ewepụtaghị, afa awaa ya ka o weputa ego n'ike. Ọ na-ekpekwa ikpe, si onye sịrị na ya bụ dịji, onye ahụ chie ọzọ, n'ihi na ichi ọzọ abụghị egwu a chị ụtaba n'aka agba. E nwekwara ụda n'usoro n'abụ a ekwekwe. Ndịna dị n'abụ a bụ ikpe. N'ihi na ọ na-ekpe ndị ogbenye gbaliri chie ọzọ ma nwee aka ntagide iwepụta ihe ka ha mesapụ aka n'ihi na ọ bụ dike maọbụ diji na-eji ọzọ.

**Abụ nke ise**

| | |
|---|---|
| Ọgụụ | Oshimiri makọdị n'eze Okpuje bụ okorobia |
| Okwee | Oshimiri makọdi n'eze Okpuje bụ okorobia |
| Ọgụụ | Oshimiri makọdi n'agabaidu bụ okorobia |
| Okwee | Oshimiri makọdi n'agabaidu bụ okorobia |

Ndịna abụ a bụ njiaamma. Abu a na-aja onye chiri echichi n'obodo. Ọ na-ebuli ya elu na-akewa na ọ bụ ọgaranya. O nwekwara ntụnyere ebe o ji eze Okpuje atụnyere oshimiri. E nwekwara mbụrụ e bu ọ sịrị na eze obodo ha bụ okorobịa. Otu e jiri dee ya bụ otu otito. Ọgụụ abụ webatara olundị n'abụ a: ne-na. Ahịrị a niile bụ ahịrị otito.

**Nchikọta na Mmechi**

N'abụ a bụ abụ echichi anyị tulere, a chọpụtara na e nwere ndịna dị iche iche n'abụ echichi. Ụfọdụ ndịna a chọpụtara bụ otito,

mmetuta, ekele, ikpe, njiamma na ndịna ndị ọzọ dị iche iche. A bịa, n’akanka, ọgụụ abụ jiri ahịrịmfe na ahịrịnha wee rụọ ọrụ. Ahịrị abụ ya gara were were. O webatakwa olundị iji mee ka abụ ụfọdụ ndị a nwee ụdanusoro. A hụtakwara na ọtụtụ abụ ndị a nwere mbụrụ na ndịka. Atụmaatụ echiche apụtaghi ihe nke ọma n’abụ ndị a a tụchara. A chọpụtakwara na abụ echichi nwere nnukwu ọrụ ọ na-arụ na ndụ ndị chiri echichi na ndị a na-echi echichi. Aro anyị bụ na ndị nchọcha ọzọ ga-agba mbọ lebaa anya n’ọrụ nakwa ọnọdụ abụ echichi n’oge ugbu a maka na nchọcha nke a chọpụtara na abụ echichi adịghịzị ire ka ọ dị n’oge mbu. Nchọcha anyị gosikwara na ọtụtụ mgbe, abụ echichi n’Okpuje na-adị, n’ụdị ihe ọgụụ gụrụ ka ndị nkwee ga-ekwekwa.

**Edensibia**


Annis and David (1978). A contextualist theory of epitemic. American: Philpapers.

Asogwa, M.G. (2016). Eha-Alumona vindication poetry. Ph.D seminar, Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka.

Duruji (2005). Odo festival songs: An Ngwo oral poetry, M.A. Thesis, Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka.

Goldschamdt, B. (1966). Structural functionalism: An introduction to the literature. Amazon com Grin publishing.

Ihedigbo, R.E. (2017). Theme and style of Igbo Birth songs. Ph.D. Thesis, Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka.

Nwadike, I.U. (2014). Akonuche, Obosi: Pacific correspondence college & press. Anambra state.

Nze, A.I. (2010). Nchikọta akwụkwọ ule maka siniọ sekọndịrị. nnewa: MIS-FAU publishers.

Ogbalụ, F.C. (2013). Mbem na egwu Igbo Onitsha: Varsity publishing Co. Ltd.

Okoye, L.O. (2008). Ntuziaka maka ụdaasụsụ, ụtọasụsụ na omenaala Igbo. Enugu: Innoge & Sons Company Limited.

Parry Millan and Albert Lord (1968). Research and the oral tradition. Cambridge: Cambridge University Press.

Yoshifumi, Saito (1997). Style and creativity: Towards a theory of creative stylistics. Ph.D Thesis, University of Nottingham.